ELLEN G. WHITE

NDỌNDỌ UKUU AHỤ

New Covenant Publications: Igbo

Copyright © 2020. New Covenant Publications International.

Ikike niile echekwabara. Enweghị akụkụ nke akwụkwọ a nwere ike ịmeharị ma ọ bụ bufee ya n'ụdị ọ bụla ma ọ bụ n'ụzọ ọ bụla na-enweghị ikike ederede sitere n'aka onye dere ya, ma e wezụga n'ihe gbasara nhụta dị nkenke gụnyere n'ime akụkọ na nyocha dị mkpa. Biko ziga onye nkwusa ajụjụ niile dabara adaba.

Ikike niile echekwabara. Enweghị akụkụ ọ bụla nke akwụkwọ a nwere ike imeharị ma ọ bụ bufee ya n'ụdị ọ bụla ma ọ bụ n'ụzọ ọ bụla, eletrọnịkị ma ọ bụ n'ibu, gụnyere ịseomi foto, ndekọ, ma ọ bụ site na usoro nchekwa na iweghachi ozi - ma e wezụga onye nyocha ma ọ bụ onye nyocha nke nwere ike hota akụkụ dị mkpirikpi nke a ga-ebipụta. na magazin, akwụkwọ akụkọ ma ọ bụ akwụkwọ akụkọ oge.

ISBN: 359-2-85933-609-1

ISBN: 359-2-85933-609-1

Ịdekọ na data mbipụta

Edeziri ma chepụta ya bụ: New Covenant Publications International Group

E bipụtara ya na United Kingdom.

Mbipụta mbụ 26 Mee 2020

E bipụtara ya: New Covenant Publications International Ltd.,

Kemp House, 160 City Road, London, EC1V 2NX

Gaa na webụsaịtị: www.newcovenant.co.uk

E kpachaara anya hapụ ibe a oghere

New Covenant Publications

International Ltd.

Akwụkwọ ndị gbanwere, Echiche ndị gbanwere

New Covenant Publications International Ltd.,
Kemp House, 160 City Road, London, EC1V 2NX

Adreesị ozi ịntanetị: newcovenantpublicationsintl@gmail.com

Nkwenye

A raara akwụkwọ a nye Chineke.

Okwu Mmalite

Nzukọ ozi anyị, New Covenant Publications International Ltd. na-ejikọta onye na-agụ ya na atụmatụ dị nsọ nke na-ejikọta eluigwe na ụwa ma na-ewusi ịdịgide nke iwu ịhụnanya ike. Logo anyị, Igbe ọgbụgba ndụ ahụ na-anọchi anya mmekọrịta chiri anya dị n'etiti Kraịst Jizọs na ndị Ya na isi n'iwu nke Chineke. Dika edeworo ya: N'ihi na nka bu ọbụba-ndu nke Mu na ulo Israel gāḅa mḅe ubọchi nile ahu gasiri, (ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta); M'gētiye iwum n'ime-ha, ọ bu kwa n'obi-ha ka M'gēdekwasi ya dika n'akwukwọ; M'gābu-kwa-ra ha Chineke, ha onwe-ha gābu-kwa-ram otù ndi: (Jeremaia 31:31-33' Ndi-Hibru 8:8) N'ezie, ọgbụgba ndụ ọhụrụ ahụ na-egosi na a ga-agbapụta anyị, bụ́ nke esemokwu na-akwụsịghị akwụsị, nke e jikwa ọbara mechie.

Ruo ọtụtụ narị afọ, ọtụtụ ndị nwetara ahụhụ na mmegbu a na-apụghị ịghọta aghọta, bụ́ nke a gbakọrọ iji kpochapụ eziokwu. (4) Nrụrụ aka nke nrụrụ aka na ihe ọjọọ na-aba ụba kpalitere mmebi na obi ọjọọ na-enweghị atụ. Otu o sila dị, ihe ọmụma furu efu ka eweghachiri…Otú ọ dị, n'ihe odide a, otu onye na-achọpụtaghachi ihe a na-apụghị ịgbagha agbagha nke mgbanwe mgbanwe a pụtara site n'echiche nke ndị na-eme mgbanwe na ndị ọsụ ụzọ ndị ọzọ nwere obi ike. Site n'anya ha, mmadụ nwere ike ighọta agha ndị na-emebi emebi, ihe kpatara nkwụsi ike dị otú ahụ na ntinye aka nke Chineke.

Oge mgbanwe nke narị afọ nke 16 kpalitere oge nke eziokwu, mgbanwe bụ isi na ọgba aghara ga-esi na ya pụta, dịka e gosipụtara na mmegharị nke counter-ngbanwe. Otú ọ dị, site n'akwụkwọ a, mmadụ na-achọpụtaghachi ihe a na-apụghị ịgbagha agbagha nke mgbanwe mgbanwe a pụtara site n'echiche nke ndị mgbanwe mgbanwe na ndị ọsụ ụzọ ndị ọzọ nwere obi ike. Site na akụkọ ha, mmadụ nwere ike ighọta agha ndị na-agbawa agbawa, ihe ndị kpatara nguzogide dị egwu na ntinye aka karịrị nke mmadụ.

Ụkpụrụ anyị bụ: "Akwụkwọ ndị gbanwere, echiche ndị gbanwere," na-emesi ụdị akwụkwọ dị iche iche ike, nke e dere n'oge dị oké egwu na mmetụta ya zuru ụwa ọnụ. Ọ na-egosipụtakwa ihe zuru oke mkpa nke mgbanwe nke onwe, mmụgharị na mgbanwe. Dị ka ụlọ ọrụ obibi akwụkwọ nke Gutenberg na ụlọ ọrụ nsụgharị, na-ekesa ụkpụrụ nke okwukwe a gbanwere, ihe dị ka afọ 500 gara aga, ụlọ ọrụ ntanetị dijitalụ na mgbasa ozi mgbasa ozi ga-ekwurịta okwu n'asụsụ ọ bụla ìhè nke eziokwu n'oge ikpeazụ a.

Ndọndọ Ukuu Ahụ

Tebulu Ọdịnaya

Isi Nke 1—Ọdịda Nke Ekwensu 5
Isi Nke 2—Ọdịda Nke Madụ 7
Isi Nke 3—Atụmatụ Nke Nzọpụta 9
Isi Nke 4—Ọbibia Mbụ Nke Kraist 12
Isi Nke 5—Ije-Ozi Nke Kraist 16
Isi Nke 6—Nnwogha Ahụ 19
Isi Nke 7—Nrafu A rafuru Kraist 21
Isi Nke 8—Ikpé Nke Ekpèrè Jisọs 24
Isi Nke 9—Nkpọgide N'obe Nke Kraist 28
Isi Nke 10—Nbilite N'ọnwụ Nke Kraist 32
Isi Nke 11—Ila N'eluigwe Nke Kraist 38
Isi Nke 12—Ndị N'eso Ụzọ Kraist 39
Isi Nke 13—Ọnwụ Nke Stiven 43
Isi Nke 14—Mgbanwe Nke Sọl 45
Isi Nke 15—Ndị Juu Kpebiri Igbu Pọl 47
Isi Nke 16—Pọl Jere Leta Jerusalem 50
Isi Nke 17—Oke Ndapụ Ahụ Site N'okwukwe 53
Isi Nke 18—Ihe-Omimi Nke Nmebi-Iwu 56
Isi Nke 19—Ọnwụ, Ọ bụghị Ndu Ebighị-ebi N'ime Ahụhụ 59
Isi Nke 20—Nmeharị Ihe Ahụ 62
Isi Nke 21—Nzukọ Na Ụwà Dịkọrọ N'otu 65
Isi Nke 22—William Miller 67
Isi Nke 23—Ozi Mụọ-ozi Nke Mbụ Ahụ 69
Isi Nke 24—Ozi Mụọ-ozi Nke Abụa Ahụ 73
Isi Nke 25—Ngosipụta Ndị N'ele-Anya Ọbịbịa-Abụa Ahụ 75
Isi Nke 26—Ihe Ngosi ọzọ 79
Isi Nke 27—Ebe-Nsọ Ahụ 82
Isi Nke 28—Ozi Mụọ-ozi Nke Atọ Ahụ 85

Isi Nke 29—Ihe Nnọkwasị Siri-Ike 88
Isi Nke 30—OFufe Mụọ-ỌJọọ 91
Isi Nke 31—Anya Uku 94
Isi Nke 32—Nkwagharị Ahụ 96
Isi Nke 33—Ajụọ-Omume Di Iche-iche Nke Babịlon 99
Isi Nke 34—Oke Iti-Mkpu Ahụ 102
Isi Nke 35—Ozi Nke Ato Ahụ Mechiri 104
Isi Nke 36—Oge Nke Nsogbu Jekob 106
Isi Nke 37—Nnapụta Nke Ndị Nsọ 108
Isi Nke 38—Ụgwọ-Ọlụ Nke Ndị Nsọ 110
Isi Nke 39—Ụwà Tọgbọrọ N'efu 111
Isi Nke 40—Nbilite N'ọnwụ Nke Abụa Ahụ 113
Isi Nke 41—Ọnwụ Nke Abụa Ahụ 115

Isi Nke I—Ọdịda Nke Ekwensu

Onyenwe-anyị egosiwo m na Ekwensu bụụrụ mụọ-ozi e nyere ùgwù n' eluigwe, onye n' esoje Jisọs Kraist. Iru Ya dịịrị nwayọọ, n'igosi obi-ụtọ dịka ndị mụọ ozi ọzọ. Egedege iru ya dịịrị elu dịkwa obosàrà ma gosikwa oke akọ-n'uche. Ọdịdị ya zuru oke. O nwekwara ụdị nke onye á mààrà ahà ya, dịkwa elu nke ukuu. A hụkwara m na mgbe Chineke sịrị Ọkpara Ya, bia ka Anyị kee madụ n'oyiyi Anyị, Ekwensu nweworo ekworo n'ebe Jisọs nọ. Ọ chọworo ka a kpọtụrụ ya banyere okike madụ. O jupụtara n'anya-uku, ekworo na ikpọ-asi. Ọ chọrọ ibụ onye kachasi elu n'eluigwe, n'esoje Chineke ka ọ nara ùgwù kachasi elu. Tutu oge nka, eluigwe niile dịịrị n'usoro, na izu oke nke ịdị n'okpuru ọchịchị nke Chineke.

Ọ bụ nmehie dịkasịrị elu bụ inupu-isi megide usoro na uche nke Chineke. Eluigwe niile dịka ọ nọ n'ọgbaghara. A mawapụtara ndị mụọ-ozi n'ụsụụ ha dị iche-iche nke ụsụụ ọbula nwekwara mụọ-ozi n'edu-edu. Mụọ-ozi ndịa niile ka a kpaliri. Ekwensu nọkwa n'arọgide ọchịchị nke Chineke, n'ọchịchọ nke ibuli onwe ya elu, n'achọghịkwa irudatara ikike nke Jisọs. Ụfọdụ ndị mụọ-ozi nọyeere Ekwensu na nnupu-isi ya, ma ndị ọzọ nọsịrị ike na nkwado nke ùgwù na amamihe nke Chineke n'enye Ọkpara Ya ikike. Osi-agụgọ wee dị n'etiti ndị mụọ-ozi. Ekwensu na ndị ya o mekutara, ndị n'agbali iwụghari ọchịchị nke Chineke, nwewọkwara nmasị ileba anya na omimi nke amamihe Ya imata ebum-n'obi Ya n'ibuli Jisọs elu, na inye Ya ụdị ikike ukuu dị otua n'enweghị ụsọtụ. Ha nupụrụ isi megide ikike nke Ọkpara Chineke, e wee mee ka ndị mụọ-ozi niile biakọọ n'iru Nna, ka e wee kpebie ikpe ha. E kpebiri na a g'achụpụ Ekwensu site n'eluigwe, na ndị mụọ-ozi ahụ, ka ha ra bụ ndị ha na Ekwensu jikọrọ aka na nnupu-isi ahụ, ka a ga-chụpụkwa ha na ya. Mgbe ahụ agha wee daa n'eluigwe. Ndị mụọ-ozi tinyere aka n'ọgụ ahụ, Ọ masịkwara Ekwensu imeri Ọkpara Chineke, na ndị doro onwe ha n'okpuru ọchichọ obi Ya. Ma ndị mụọ-ozi ndị dị mma n'eziokwu meriri, e wee chụpụ Ekwensu, na ndị n'eso ụzọ ya, site n'eluigwe.

Mgbe e mechibidoro Ekwensu ụzọ nke eluigwe, ya na ndị soro ya daa, mgbe ahụ ka o chetara na o tufuwo ịdị nsọ na ebube nke eluigwe rue ebighị-ebi. Mgbe ahụ ka o chegharịrị ma nwekwa nmasị ka a kpọghachi ya ọzọ n'eluigwe. O wee dị na njikere ị were ọnọdụ ahụ nke rukwaara ya, m'ọbụkwa ọnọdụ ọzọ nke a pụrụ inye ya. Ma e-e, eluigwe a pụghị ịnọ na ọghọm. Eluigwe niile pụrụ ịla n'iyi m'ọbụrụ na a kpọghachi ya; n'ihi na nmehie malitere n'ime ya, ọbụna nkpụrụ niile nke nnupu-isi dịkwa n'ime ya. Ekwensu e nwetawori ndị n'eso ụzọ ya bụ ndị kwenyeere ya na nnupu-isi ya. Ya na ndị n'eso ụzọ ya chegharịrị, wee kwa-akwa ma riọ ka a nabatakwa ha n'iru-ọma nke Chineke. Ma e-e, nmehie ha, ikpọ-asi ha, ekworo na anya-ụfụ ha adiwo ukuu nke Chineke n'apụghị ihichapụ. Ọ ghaghị inọgide wee nata ntaramahụhụ ikpeazu ya.

Mgbe Ekwensu mazuru nke ọma na a pụghị ịnabatakwa ya ọzọ n'iru-ọma nke Chineke, ekworo ya na ikpọ-asị ya malitere ipụta ihe. Ọ kpọkọtara ndị mụọ-ozi ya, wee tụa atụmatụ inọgide n'ọlụ megide ọchịchị nke Chineke. Mgbe e tinyere Adam na Iv n'ogige Iden ọma ahụ, Ekwensu nọrọ n'atụ atụmatụ ibibi ha. Ọ gbara izu ya na ndị mụọ ọjọọ ya. Ọdighị ụzọ a pụrụ iji napụ dị na nwụnye ndịa obi-ụtọ ha ma ha nọgide n'irubere Chineke isi. Ekwensu apụghị inwe ike n'ebe ha nọ ma ọ bụghị ma ha buru ụzọ nupụrụ Chinke isi, ma tufue iru-ọma Ya. E kpebiri na Ekwensu g'eyiri ụdi ọzọ, ma gosipụta nmasị n'ebe madụ nọ. Ọ ghaghị ikwu okwu mkpasu-iwe megide eziokwu nke Chineke, tinyekwa obi-abụa ma Chineke ọ dịkwa ka okwu-ọnụ Ya si dị, ọzọ kpaliekwa ha iju ajụjụ ma durukwa ha inyọcha omimi atụmatụ nke Chineke., bụ nke Ekwensu nwekwara ọmụma-ikpe na ya, ma n'eche uche banyere nmachi a machigịdere ha n'osisi nke amamihe ahụ.

Isi Nke 2—Ọdịda Nke Madụ

Ahụrụ m na ndị mụọ-ozi dị nsọ n'eleta ogige Iden ahụ mgbe nile, n'enyekwa Adam na Iv ndụmọdụ banyere ọlụ e nyere ha n'aka, ma n'ezikwa ha ihe banyere nnupu-isi nke Ekwensu na ọdịda ya. Ndị mụọ-ozi makwaara ha ọkwa banyere Ekwensu, ma dụọkwa ha ọdụ ka ha ghara ikewapụ onwe ha site n'arụ ibe ya n'ọlụ ha, n'ihi na onye iro a dárá-ada pụrụ izute ha. Ndị mụọ-ozi dụsịrị ha ọdụ ike ka ha soro ntuzi-aka niile nke Chineke nyere ha, n'ihi na ọ bụ naanị n'ime nrube-isi zuru-oke ka ha nwere nchekwa. Na ọbụrụ na ha rubere isi, onye iro a agaraghị enwe ike ọbụla n'arụ ha.

Ekwensu malitere ọlụ ya n'aru Iv, ime ka o nupu isi. Ọ bụru ụzọ dahie n'ikpafu site n'ebe dị ya nọ, ọzọ, site n'ikpagharị nsọ gburu-gburu osisi ahụ a machibidoro, ọzọkwa site n'iña ntị n'olu onye ọnwụnwa ahụ, ọbụna imalite inwe obi-abụa n'ihe Chineke kwuworo — N'ụbọchị ahụ nke ị g'eri site na nkpụrụ ahụ ị g'anwụ anwụ. O chere, eleghị-anya nka a pụtaghị n'ezie otu Onye-nwe-anyị kwuru ya. O tinyere aka na nnupu-isi. O wee setipu aka ya, were n'ime nkpụrụ osisi ahụ, ma rie. Ọ bụ ihe dị mma n'ile anya ma dịkwa ụtọ n'ọnụ. O nwewo anya-uku na Chineke napụrụ ha ihe dịrị ha mma. O wee nye dị ya nkpụrụ osisi ahụ, sitekwa n'ụzọ dị otua n'anwa ya. Ọ gwakwara Adam ihe niile bụ nke agwọ ahụ kwuru, ma kọwapụtakwa ihe iju-anya n'ihi ike nke okwu ya.

A hụrụ m nwụte nke biakwasịrị n'iru Adam. O wee nọọ n'ụjọ na oke mgbagwoju-anya. Ọ dịkwa ka ndọndọ n'agabiga n'ime uche ya. O metụrụ ya n'uche n'ezie na nka bụ onye iro ahụ nke á maara ọkwa maka ya, ma lee nwụnye ya aghaghị inwụ. A ghaghị ikewa ha. Ihụnanya o nwere n'ebe Iv nọ sịrị ike. Ma sitekwa n'ịda mba nke obi, na o kpebiri isoro ya kere oke ọnọdụ ahụhụ. O wee nara mkpụrụ osisi ahụ, ma rie ya ngwa-ngwa. Mgbe ahụ Ekwensu ñurịrị ọñụ nmeri. O nupuwo isi n'eluigwe, ma nweekwa ndị kwenyere ya hụkwa ya n'anya, ma sorokwa ya na nnupu-isi ya. Ọ dara, ma meekwa ka ndị ọzọ sorokọọ ya daa. Ma ugbua ọ nwawọkwa nwanyị ahụ ka ọ ghara ịtụkwasi Chineke obi, itinye anya n'ime amamihe Ya, na ichọ ịbanye omimi nke atụmatụ Ya zuru oke. Ekwensu maara na nwanyị a agaghị ada naanị ya. Adam, site n'ihụnanya o nwere na Iv, nupụrụ isi n'iwu nke Chineke wee sorọkwa ya daa.

Ozi banyere ọdịda madụ gbasara n'eluigwe. Ụda ụbọ-akwara niile kwụsịrị. Ndị mụọ-ozi kpupukwara okpu-eze ha niile site n'isi ha n'iri-uju. Eluigwe niile nọ n'aghara. E nwere nzukọ ikpebi ihe a g'eme madụ abụa ndịa dàrà iwu. Ndị mụọ-ozi tụrụ egwu na ndịa g'esitpụkwa aka ha, ma rie mkpụrụ sitere n'osisi nke ndụ ahụ, wee bụrụ ndị nmehie n'adighị anwụ-anwụ. Kama Chineke sịrị na Ya g'achụpụ ndị nmebi-iwu ahụ site n'ogige ahụ. A kpọpụtara ndị mụọ-ozi n'otu mgbe ahụ ichegide ọnụ-ụzọ osisi nke ndụ ahụ. Ọ bụwori atụmatụ Ekwensu haziri nke ọma na Adam na Iv g'enupụrụ Chineke isi, natakwa mgbarụ-iru Ya, ma bụrụ kwa ndị e dubara ikere oke site n'osisi nke ndụ ahụ, ka ha wee dị

ndụ ebighị-ebi n'ime nmehie na nnupu-isi, n'ụzọ dị otua nmehie a bụrụ ihe n'adịgide-adigide. Ma e zigara ndị mụọ-ozi dị nsọ ichụpụ ha pụa n'ogige ahụ, ọbụna mgbe a kpọpụtakwara ụsụụ ndị mụọ-ozi ọzọ ichegide ụzọ gara n'osisi nke ndụ ahụ. Onye ọbụla n'ime ndị mụọ-ozi ndịa dị ike yikwara dịka ndị ji ihe n'aka nri ha, nke yiri mma agha n'egbuke-egbuke.

Mgbe ahụ Ekwensu meriri. Ndị ọzọ ka o mere ka ha taa ahụhụ site n'ọdịda ya. Ya ka a chụpụworo site n'eluigwe, ha ka a chụpụkwara site n'ogige paradais.

Isi Nkɛ 3—Atụmatụ Nkɛ Nzọpụta

Iri-uju jupụtara eluigwe, mgbe a hụrụ na madụ efuwo, ọbụna ụwà nke Chineke kere g'abụ ihe jupụtara na ndị n'anwụ anwụ e tinyere na ọnọdụ nhụju-anya, ọria na ọnwụ, ma ọdịghịkwa ụzọ mgbapụ dịrị onye n'emehie ihe. Ezi n'ụlọ Adam niile aghaghị inwụ. A hụrụ m Jisọs ọma ahụ, ma legịdekwa ngosipụta nke obi-ebere na nwute dị n'iru Ya. Na ngwa-ngwa a hụrụ m Ya ka Ọ gara nso ihè ọkụ ukuu ahụ nke n'ekpuchigịde Nna Ya. Mụọ- ozi nke n'eso m wee si, Ọ nọ na nkparịta ụka Ya na Nna Ya. Ọnụnụ-ọkụ nke obi nke ndị mụọ-ozi dịkasịrị elu mgbe Ya na Nna Ya n'akparite ụka. Ugboro atọ ka ihè nke ebube Nna Ya kpuchidoro Ya, ma n'oge nke atọ mgbe O si n'ebe Nna Ya nọ pụta, a hụrụ Ya anya n'ụdị Ya. Iru Ya dị jụụ, nwerekwa onwe ya site n'ihe iju-anya niile na nsogbu, n'enwekwa obi omiko na ihụnanya, n'ụdị nke ọnụ n'apụghị ikọwa. Mgbe ahụ O wee mee ka igwe ndị mụọ-ozi mara na e mepụtawo ụzọ mgbapụ nye madụ furu-efu. Ọ gwara ha na ya nọri n'arịọ Nna Ya arịrịọ, na Ya e werewokwa ndụ Ya nye iji gbapụta, ma narakwa ikpe ọnwụ nye onwe Ya, ka ọ g'abụ na site n'aka Ya, madụ pụrụ ịchọta mgbaghara. Na site na ozuzu-oke nke ọbara Ya na nrube-isi n'iwu nke Chineke, ha g'enweta iru-ọma nke Chineke, wee bụrụ ndị a kpọghachiri n'ogige ọma ahụ, ma riekwa site na mkpụrụ osisi nke ndụ ahụ.

Na mmalite ndị mụọ-ozi añurịghị ọnụ, n'ihi na Onye-isi ha ezonarịghị ha ihe ọbụla, kama O kpuheere ha ụkpụrụ nke nzọpụta. Jisọs gwara ha na Ya g'eguzo n'agbata iwe nke Nna Ya na madụ onye ikpe mara, na Ya onwe Ya g'eburu nmehie na ikwa-emo, ọbụna naanị ole na ole g'anara Ya dịka Ọkpara Chineke. Ọ g'afọdụ nke nta ka madụ niile kpọ Ya asị ma jụkwa Ya. Ọ g'arapụ ebube Ya niile n'eluigwe, pụtakwa ihè n'ụwà dịka madụ, wedakwa onwe Ya àlà dịka madụ, Ọ ga ahụzukwa ọnọdụ niile na ọnwụnwa dị iche-iche nke g'agba madụ gburu gburu, na Ọ g'amara otu Ọ g'esi nyere ndị a g'anwa aka; ka ọ g'abụkwa n'ikpeazụ, mgbe O jezuru ozi Ya dịka Onye-ozizi, a g'arara Ya nye n'aka ụmụ madụ, na Ọ g'anagịde nmeso ọjọọ ọbụla na ahụhụ nke Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya g'akpali ndị nmehie itikwasi Ya; ka o wee nwụa ọnwụ kachasị njọ, bụ ikwụdo Ya n'elu dịka onye nmehie ikpe mara; ka O wee hụjue anya ọtụtụ oge-awa nke arụ-ụfụ; nke ọbụna ndị mụọ-ozi n'apụghị ilegịde anya, kama ha g'ekpuchi iru ha site n'ile ọnọdụ dị otua. Ọ bụghị naanị nhụju-anya nke arụ-ụfụ; kama nhụju-anya nke ime-mụọ, nke n'apụghị iji tụnyere nhụju-anya nke elu-arụ. Ibu-arọ nmehie nke ụwà niile g'adakwasi Ya. Ọ gwara ha na Ya g'anwụ ma biliekwa ọzọ n'ụbọchị nke atọ, na Ọ g'arigokuru Nna Ya ịrịọ arịrịọ n'isi madụ kpafuru-akpafu, ikpe mara.

Ndị mụọ-ozi rudatara onwe ha n'iru Ya. Ha nyere ndụ ha. Jisọs sịrị ha na Ọ g'esite n'ọnwụ Ya zọpụta ọtụtụ madụ; na ndụ otu mụọ-ozi apụghị ikwụ ụgwọ ahụ. Naanị ndụ nke Ya ka Nna Ya pụrụ ịnabata iji gbapụta madụ.

Jisọs gwakwara ha na ha g'enwe òkè ha g'alụ inọyere Ya, na ịgba Ya ume n'oge dị iche-iche. Na Ọ g'eyiri ọdịdị nke madụ dárá-ada, na ike Ya agaghị erukwa ọbụna nke ha.

Na ha g'abụkwa ndị àmà nke nweda n'àlà Ya na oke nhụju-anya Ya niile. Na dịka ha g'abụ ndị àmà nke nhụju-anya Ya niile, na nkpọrọmasị ndị madụ nye Ya, ha ga abụ ndị a kpaliri n'ime nwụte dị ukuu, ma site n'ihụnanya ha nwere n'arụ Ya, ha g'achọkwa inapụta Ya, ma zọpụtakwa Ya site n'aka ndị n'egbu Ya; kama na ha anwakwala anwa itinye aka igbochi ihe ọbụla ha g'ahụ; ma ha g'alụkwa òkè ha na mbilite n'ọnwụ Ya; n'ihi na atụmatụ nke nzọpụtaka e meworo, na Nna Ya nabatara atụmatụ ahụ.

Na nwụte dị nsọ, Jisọs kasịrị ndị mụọ-ozi obi, ma mesaakwa ha iru, ma gwa ha na n'ọdi n'iru ndị ahụ Ọ ga-gbapụta g'anọyere Ya, ma birikwa gbe niile Ya na ha; ma site kwa n'ọnwụ Ya o g'agbapụta ọtụtụ, ma bibiekwa onye ahụ nke nwere ike nke ọnwụ. Ma Nna Ya g'enyekwa Ya àlà-eze ahụ, na ịdị ukuu nke àlà-eze ahụ n'okpuru eluigwe niile, Ya onwe Ya ga enwekwa ya mgbe niile ebighị-ebi. A g'ebibikwa Ekwensu na ndị nmehie, na ha a gaghị esogbukwa eluigwe ozọ, m'ọbụ ụwà ọhụụ ahụ e mere ka ọ dị ọcha. Jisọs mere ka ụsụụ niile nke eluigwe nwe otu-olu na atụmatụ ahụ nke Nna Ya kwenyere, ka ha ñuriakwa na a pụrụ ibuli madụ ahụ nke dárá-ada elu ọzọ site n'ọnwụ Ya, inweta iru-ọma n'ebe Chineke nọ na inwe ọñụ nke eluigwe.

Mgbe ahụ ọñụ, ọñụ nke ọnụ n'apụghị ikọwa jupụtara eluigwe. Ọbụna ụsụụ ndị eluigwe bụrụ abụ nke otuto na ọjịja-mma. Ha kpatụrụ aka n'ụbọ akwara ha ma fụa abụ dị elu karịa ka ha si eme na mbụ, n'ihi oke obi-ebere na nruda n'àlà nke Chineke n'inye onye Ọ hụrụ n'anya ka Ọ nwụchitere ọgbọ nnupu-isi ọnwụ. Otuto na ọjiịa mma ka a wụsara n'ihi ịjụ onwe-onye na aja nke Jisọs; na Ọ ga ekwenye ịrapụ iru Nna Ya, ma họrọ ndụ nke ịta ahụhụ na ihe mgbu, ma nwụa ọnwụ nke ihere ka O wee nye ndị ọzọ ndụ.

Mụọ-ozi ahụ sịrị, i chere na Nna nyere Ọkpara Ya Ọ hụrụ n'anya n'enweghị aramahụ? E-e, e-e. Ọ bụkwari ihe oke aliịlị n'ezie nye Chineke nke eluigwe, m'ọbụ irapụ madụ ikpe mara ka ọla n'iyi, m'ọbụkwa inye Ọkpara Ya Ọ hụrụ n'anya ka Ọ nwụa n'ihi ha. Ndị mụọ-ozi gosikwara nmasị nke ukuu banyere nzọpụta nke madụ na a pụrụ ihụta ụfọdụ n'ime ha ndị g'arapụ ebube ha, wee nye ndụ ha n'ihi madụ nke na-àlà n'iyi. Kama, mụọ-ozi nke n'edu m sịrị, nka apụghị ilụpụta ihe ọbụla. Nmehie ahụ dị ukuu na ndụ nke mụọ-ozi apụghị ikwụ ụgwọ ya. Ọdighị ihe ọzọ m'ọbụghị ọnwụ na arịrịọ nke Ọkpara Ya g'akwụ ụgwọ ahụ, wee zọpụta madụ nke furu efu site n'iri-uju n'enweghị olileanya, na nhụju-anya kwa.

Kama ọlụ nke ndị mụọ-ozi ka e kenyekwara ha, irigo na ịrịda n'eweta nkasi-obi nke agbam-ume site n'ebube idozi Ọkpara Chineke n'ime ahụhụ Ya dum, na ijere Ya ozi. Ọzọkwa, ọlu ha g'abụ ichebe na idebe ndị dịrị àmàrà pụa n'aka ndị mụọ-ọjọọ, na ọchịchịrị n'agbagịde ha mgbe niile site n'aka Ekwensu. A hụrụ m na ọ bụ ihe n'enweghị omume ka Chineke megharia mọbụ gbanwee iwu Ya, ka e wee zọpụta onye nfu, na-àlà n'iyi; n'ihi nka O nyere Ọkpara Ya o hụrụ n'anya ka Ọ nwụa n'ihi nmebi-iwu nke madụ.

Ekwensu ñụrịrị ọñụ ọzọ ya na ndị mụọ-ozi ya na o nwewo ike, site n'ikpata ọdịda nke madụ wee dọdata Ọkpara Chineke site n'ọnọdụ Ya dị elu. Ọ gwara ndị mụọ-ozi ya na mgbe

Jisọs g'ewere ọdịdị madụ nke dara-ada, na ya g'akarị Ya ike, ma gbochie nmezu nke atụmatụ nzọpụta.

Mgbe ahụ e gosịrị m Ekwensu ka o diworo na mbụ, n'obi ụto, dịka mụọ-ozi e buliri-elu. E wee gosikwa m ka o sịrị dị ugbua. Ọ nọ n'adikwa n'oyiyi nke onye-eze. Ọ nọ n'enwekwa ụdị kwesịrị nsọ, n'ihi na ọ bụ mụọ-ozi dara-ada. Kama ihe iru ya n'egosi jupụtara n'oke echiche, ndọlị, obi- ọjọọ, anya-ụfụ, ikpọ-asị, arụrụ-àlà, aghụghọ na ihe ọjọọ niile. Iru ahụ nke a n'asọpụrụ asọpụrụ na mbụ, eletara m ya. Mbara iru ya, malitere n'anya ya abụa laa azu. A hụrụ m na ọ kwaruwo onwe ya n'ogologo oge ndịa, na ihe-ọm'ọbụla nke dị ya n'arụ atalatawo, ma mkpụrụ ọjọọ ọbụla e pulitewo. Anya ya abụa nwere izu dị omimi, dịkwa aghụghọ, n'egosikwa oke nleru anya. O nwere arụ dị obosara, kama na anụ-arụ yọkọrọ-ayọkọ gburu-gburu aka ya abụa na iru ya. Dịka m legịdere ya anya, ọ dụnyere aka ekpe ya n'agba. Ọ dị ka onye nọ n'oke echiche. Ọnụ-ọchị dịkwa n'iru ya, nke mere ka m tụa egwu, o jupụtara na ihe ọjọọ na aghụghọ Ekwensu. Ọ bụ ọnụ-ọchị a ka ọ n'eyiri mgbe ọ n'abiakute onye ọ n'emegbu, ma dịka ọ n'ekechi onye ọ n'amata nọnya, ọnụ-ọchi a n'aghọ ihe iyi-egwu.

Isi Nkɛ 4—Ọbibia Mbụ Nkɛ Kraist

Mgbe ahụ e kuuru m biarue oge ahụ mgbe Jisọs g' eyikwasị onwe Ya ọdịdị nke madụ iweda onwe Ya àlà dịka madụ, na ihụ ahụhụ nke ọnwụnwa Ekwensu.

Ọmụmụ Ya abụghị nke onye a maara áhà ya. A mụrụ Ya n'ụlọ anụmanụ, were kwa nri atụrụ meere Ya ihe ndịna; ma otu ọdi, ọmụmụ Ya ka e nyere ùgwù karị nke madụ ọbụla. Ndị mụọ-ozi sitere n'eluigwe gwa ndị ọzụzụ atụrụ banyere ọbibia nke Jisọs, mgbe ihè na ebube nke sitere n'ebe Chineke nọ soro ọgbụgba àmà ha. Ụsụụ nile nke eluigwe kpatụrụ aka n'ụbọ akwara ha wee nye Chineke otuto. Ha ji iti nkpu ọñụ nmeri zie ozi ọbibia nke Ọkpara Chineke n'ime ụwà dara-ada iluzu ọlụ nke mgbapụta, ka O sitekwa n'ọnwụ Ya weta udo, obi-ụtọ, na ndụ eigh-ebi nye madụ. Chineke nyere ùgwù n'ọbibia nke Ọkpara Ya. Ndị mụọ-ozi fekwara Ya ofufe.

Ndị mụọ-ozi nke Chineke rụgharịrị gburu-gburu ebe e mere Ya baptizim, Mụo-nsọ ridakwara n'oyiyi nke nduru, ma nọkwasịkwa n'elu isi Ya, ọbụna mgbe ndị madụ guzo n'ihe itụnanya dị ukuu, n'elegịde Ya anya ha, olu nke Nna Ya ka a nụrụ site n'eluigwe, n'asi, Gị onwe Gị bụ Ọkpara m hụrụ n'anya, ihe Gị dị m ezi mma.

O weghị Jọn anya nke ọma na ọ bụ onye-nzọpụta ahụ biara ka o mee ya baptizim n'osimiri Jọdan. Ma Chineke e kwewo ya ri nkwa ihe iribama nke ọ g'esite na ya mara Nwatụrụ nke Chineke ahụ. Ihe iribamà ahụ ka e nyere mgbe nduru nke eluiwe nọkwasịrị n'isi Jisọs, na ebube nke Chinneke nwukwara gburu-gburu Ya. Jọn setịrị aka ya n'atụ Jisọs, werekwa oke-olu tie nkpu si, Lee Nwatụrụ nke Chineke onye n'ebupụ nmehie nke ụwà.

Jọn gwara ndị n'eso ụzọ ya na Jisọs bụ Mesaia ahụ e kwere na nkwa, Onye-nzọpụta nke ụwà. Ka ọlụ ya n'emechi, o ziri ndị n'eso ụzọ ya ilekwasi Jisọs anya, na iso Ya dịka onye-ozizi ukuu ahụ. Ndụ nke Jọn bụụrụ nke n'enweghị ihe ụtọ. Ọ bụ ndụ nke iri-uju na ijụ onwe onye. O kwupụtara ọbibia mbụ nke Kraist, ma e nyeghị ya ohere ihụ ihe iribama Ya dị iche-iche, ma rie uru ike Ya o gosịrị. Ọ matara na mgbe Jisọs g'ewusi onwe Ya ike dịka Onye-ozizi, na ya a haghị ịnwụ. Olu ya ka a n'adịghịkwa a nụ mgbe niile, kama naanị n'ime ọzara. Ndụ ya bụkwa ndụ naanị nke otu onye. Ọ dighị a rapara n'arụ ezi-n'ụlọ Nna ya, iri uru nke ọgbakọ ha, kama ọ rapụrụ ha ka o wee mejupụta ozi ya. Ọtụtụ madụ rapụrụ obodo ukuu ha n'ekwo ekwo na obodo nta ha ndị ọzọ, ma gbakọta n'ọzara ịnụrụ okwu site n'ọnụ onye-amụma ọpụrụ-ichea, dị ebube. Jọn tinyere anyụ-ike na mkpọrọgwu-osisi. O kwuru megide nmehie n'atụghị ụjọ ihe nlụpụta ọbula, ma dozie kwa okpọrọ ụzọ nye Nwatụrụ nke Chineke.

O metụtra Herọd ka ọ n'anụ okwu ndịa n'adasi ike, na ntuzi-aka na àmà niile nke Jọn. Na nmasị dị-omimi ọ jụrụ ihe ya g'eme we bụrụ onye n'eso ụzọ ya. E mewọkwa ka Jọn mara na ọ n'achọ ikpọrọ nwụnye nwanne ya nwoke ka ọ lụa, ọbụna mgbe dị ya n'adị ndụ, o wee gwa Herọd ezi-okwu na ime nka ezighị-ezi n'iwu. Ma Herọd e kweghị ichụ àjà

ọbụla. O wee lụa nwụnye nwanne ya, ma, site na nrụgide nke nwanyị ahụ, o jidekwara Jọn tinye ya n'ụlọ nkpọrọ. Kama Herọd bukwaara n'obi itọpụ ya ọzọ. Ma mgbe ọ nọ na mkpọrọ, Jọn nụrụ site n'ọnụ ndị n'eso ụzọ ya banyere ọlụ ukuu dị iche-iche nke Jisọs. Ma o nweghị ohere ịnụrụ okwu amara Ya. Kama ndị n'eso ụzọ ya gwara ya, ma kasiekwa ya obi site n'ihe ha nụrụ. N'oge n'eteghị anya, e bipụrụ Jọn isi sitekwa na nrụgide nke nwụnye Herọd. A hụrụ m na ọbụna onye dịkasịrị nta na ndị n'eso ụzọ Jisọs, nke hụzuru ihe iribama Ya niile, ma nụkwa okwu nkasi-obi niile si n'ọnụ Ya pụta, bụkwaara onye dị ukuu karị Jọn Baptist. Nke bụ na, ha bụ ndị ebulikasịrị elu ma nyekwa ùgwù, ma nwekwa ihe ụtọ n'ime ndụ ha karị.

Jọn biara n'ime-mụọ na ike nke Elaija, ikwusa ọbibia mbụ nke Jisọs. A tụrụ aka zi m ọbụna rue oge ikpeazụ, ma hụ na Jọn g'abụ onye nnọchite anya ndị g'aga n'iru n'ime-mụọ na ike nke Elaija, ikwusa ụbọchị nke iwe, na ọbịbịa nke ugbo-abụa nke Jisọs.

Mgbe e mesịrị Jisọs baptizim na osimiri Jọdan e duuru ya jee n'ime ọzara site n'ike nke Mụo-nsọ ka Ekwensu wee nwa ya ọnwụnwa. Mụo-nsọ e doziwo ya n'ihi ọnọdụa pụrụ iche nke ọnwụnwa dị oke egwu. Ọgụ ụbọchị abụa ka Ekwensu nwara ya, ma n'ime ụbọchị ndịa o righịkwa ihe ọbụla. Ihe niile gbara Jisọs gburu-gburu bụ naanị ihe ọjọọ, nke pụrụ ime ka ndụ madụ tálátá. Ọ nọ n'etiti anụ-ọhia ọjọọ dị iche-iche, na Ekwensu, n'ebe tọgbọrọ n'efu, n'òwù. A hụrụ m na Ọkpara nke Chineke tụgharịrị akpọ Ya ma taakwa arụ site n'ibu ọnụ na nhụju-anya. Kama ọnọdụ Ya nka ka e buworo ụzọ mapụta na Ọ ghaghịkwa iluzu ọlụ nke Ọ bịara ịlụ.

Ekwensu weere ohere ahụ nke ọnọdụ nhụju-anya nke Ọkpara Chineke, ma jikere ịdakwasị ya site n'ọtụtụ ọnwụnwa dị iche-iche, n'olile-anya na ọ g'emeri ya, n'ihi na O wedawo onwe ya àlà dịka madụ. Ekwensu ji ọnwụnwa nka bia. "ọbụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke, nye iwu ka nkume nka ghọọ ogbe achịcha. Ọ nwara Jisọs ka O rudatara ya, ma gosi ya ejiri-mara na Ya bụ Mesai ahụ site n'igosi ike nke O ji bụrụ Chi. Ma Jisọs jiri nwayọ zaa ya si, E dewo ya n'akwụkwọ-nsọ si, Ọ bụghị naanị achịcha ka madụ g'eji dị ndụ, kama site n'okwu nile nke Chineke.

Ekwensu nọ n'achọ ka ya na Jisọs malite isi-agụgọ banyere ibụ Ọkpara Chineke Ọ bụ. Ọ rụtụrụ aka n'ike ọgwụgwụ Ya, na ọnọdụ nhụju-anya Ya, ma werekwa ilu-ọnụ kwusie ike na ya dị ike karịa Jisọs. Kama okwu ahụ nke ekwuru site n'eluigwe, Gị onwe gị bụ Ọkparam m hụrụ n'anya, ihe Gị dịkwa m ezi-mma, zuru oke ịgba Jisọs ume n'ime nhụju-anya Ya niile. A hụrụ m na n'ije-ozi Ya niile, O nweghị ihe ọbụla o ji edo Ekwensu anya banere ike Ya, na ịbụ onye-nzọpụta nke ụwà, Ekwensu nwere ihe nlere anya zuru oke banyere ọnọdụ Ya dị elu na ikike Ya. O bụ achọghị irudatara ikike nke Jisọs, chụpụrụ ya n'eluigwe.

Ekwensu, igosipụta ike ya, kuuru Jisọs rue Jeruslem, wee dute ya n'elu ụlọ ukuu Chineke, ma nwaakwa ya ọzọ, na ọbụrụ na ọ bụ Ọkpara Chineke ka o gosi ya site n'ituda

onwe-ya n'àlà site n'elu ebe o dotere Ya. Ekwensu jikwa okwu-amụma nke Chineke bia. 'N'ihi na e dewo ya n'akwụkwọ si, Ọ g'enye ndị mụọ-ozi Ya iwu banyere gị, Ọ bụkwa n'ọbaka ha ka ha g'ebuli gị, ka ị ghara ikpọbi ụkwụ gị na nkume oge ọbụla. Jisọs wee zaghachi ya sị, e kwuwo ya si gị a nwàlà Onyenwe-anyị bụ Chineke gị ọnwụnwa. Ekwensu chọworo ime ka Jisọs were oche amara nke Nna ya n'ihe nganga, wee tinye ndụ ya n'ihe ọghọm tutu a luzue ọlụ ije ozi Ya. O nwewori olileanya na atụmatụ nke nzọpụta ahụ ga-ádà; kama a hụrụ m na a tụrụ atụmatụ ahụ n'ụzọ dị-omimi nke ukuu karị ihe Ekwensu g'eji otua kwatue, m'ọbụ metọọ.

Ahụru m na Kraist bụ onye nlere nya nke ndị niile n'eso ụzọ Ya mgbe a n'anwa ha, m'ọbụghị otua oke ha g'abụ ihe ndọndọ. Ha kwesịrị iji ntachi-obi nagide ya. ha e kwesighị iche na ọ bụ oke ha ikpọku Chineke ka O gosipụta ike Ya, ka ha nweta nmeri ebe ndị iro ha nọ, karị kwa ma ọ dị ezi nchekube pụrụ iche a hụzuru anya, nke bụ naanị na ùgwù Chineke a g'esitekwa na ya nye Ya otuto. A hụrụ m na ọbụrụ na Jisọs tụdara onwe ya site n'elu ụlọ ahụ ọdighị mgbe nke ahụ pụrụ inye Nna ya otụtọ n'ihi na ọdighị onye ọzọ g'ahụ omume dị otua karị kwa Ekwensu, na ndị mụọ-ozi nke Chineke. Nke a g'abụkwa naanị ịnwa Onyenwe-anyị ka O gosi ike Ya nye onye iro Ya jọgburu onwe ya. Nka pụtakwara irudatara onye Jisọs biara imeri.

"O wee duru Ya rigo, igosi Ya ala-eze niile nke elu-ụwà dum madụ bi na mkpirimkpi oge. Ekwensu wee si Ya, ike ndịa nile ka m g'enye gị na ebube ha niile kwa; n'ihi na a rarawo ya nye n'aka m, onye ọbụla m chọkwara inye ya ka m g'enye ya. Ya mere, ọbụrụ na gị onwe gị g'akpo isi-àlà nye m, ihea niile g'abụ nke gị. Jisọs wee za si ya, gaa m n'azụ, Ekwensu, n'ihi na e dewo ya n'akwụkwọ-nsọ si, Onyenwe-anyị Chineke gị ka i g'akpọ isi-àlà nye. Ọ bụkwa naanị ya ka ị g'efe."

Nebea, Ekwensu gosịrị Jisọs àlà-eze niile nke ụwà. E zipụtara ha n'ụzọ dịkasịrị mma n'anya. O kwere inye ha Jisọs ọbụrụ na Ọ g'efe ya offufe ebe ahụ. Ọ gwara Jisọs na ọ g'arapụrụ ya nketa ụwà nile. Ekwensu matara na ike ya a ghaghị inwe oke, ma bụrụkwa ihe a napụrụ n'ikpeazụ, m'ọbụrụ na e mezuru atụmatụ nzọpụta. Ọ matara na ọbụrụ na Jisọs g'anwụ igbapụta madụ, ike ya g'agwụ mgbe ntakịrị oge gasịrị, na a g'ebibikwa ya. n'ihi nka ọ haziri atụmatụ ya igbochi, ọbụrụ na o g'ekwe mee, nmezu nke ọlụ ukuu ahụ nke malitere site na Ọkpara Chineke. Ọbụrụ na atụmatụ nke mgbapụta madụ g'ada, ọ g'ejidesikwa àlà-eze ahụ ike bụ nke ahụ ọ kọọrọ. Ma ọbụrụkwa na ọ g'emeri na nka, ọ kwara onwe ya emo na ya g'achị ọchịchị imegide Chineke nke eluigwe.

Ekwensu, ñụrịrị ọñụ mgbe Jisọs rapụrụ eluigwe, ma rapụkwa ike na ebube Ya ebe ahụ. O chere na Ọkpara Chineke ka e dotere n'okpuru ike nke ya. Ọnwụnwa ya dịrị mfe ebe madụ abụa ahụ dị nsọ nọ n'Iden, na o chere na ya pụrụ iji aghụghọ Ekwensu ya na ike ya kwatue ọbụna Ọkpara Chineke, ma site n'ụzọ dị otua zọpụta ndụ nke ya na àlà-eze ya. Ọbụrụ na ọ pụrụ inwata Jisọs ka Ọ rapụ ọchịchọ Nna ya, mgbe ahụ ọ g'enweta ihe ọ n'achọ.

Jisọs gwara Ewensu ka ọ ga ya n'azụ. Ọ bụ naanị Nna ya ka Ọ g'erudatara isi. Oge g'abia mgbe Jisọs g'eji ndụ Ya gbapụta ihe niile dị n'aka Ekwensu ma, mgbe nwa-oge nta gasịrị, ọbụna ihe niile dị n'eliugwe na n'elu-ụwà g'edo onwe ha n'okpuru Ya. Ekwensu kọọrọ àlà-eze niile nke elu-ụwà dịka nke ya, wee rọsara Jisọs ụka na Ọ pụrụ irapụ nhụju-anya ya nille ndịa. Ọbụna inweta àlà-eze nile nke ụwà ekwesịghị ime ka Ọ nwụa. Kama naanị ikpọ isi-àlà nye ya g'eme ka o nweta ihe niile nke ụwà na ebube nke ịchị ha ọchịchị. Ma Jisọs nọgidesịrị ike. O wee họrọ ndụ ya nke ahụhụ, nke ọnwụ arụ-ụfụ, na, ọbụna n'ụzọ nke Nna ya ropụtara, ibụrụ onye iwu kwadoro nketa nke àlà-eze nile nke ụwà, ma were ha nye n'aka Ya dịka ihe o nwere mgbe niile ebighị-ebi. Ekwensu kwa ka a g'enye n'aka Ya ibibi site n'ọnwụ, n'adighị mgbe ọzọ ọ g'akpasu Jisọs iwe, m'ọbụ ndị nsọ nke ebube.

Isi Nke 5—Ije Ozi Nke Kraist

Mgbe Ekwensu nwasịrị ọnwụnwa ya, ọ rapụrụ Jisọs nwoge nta, ndị mụọ-ozi doziiri Ya ihe oriri n'ọzara, ma gbaakwa Ya ume, ngọzi nke Nna ya n'adinyekwara Ya. Ekwensu adawori n'ọnwụnwa ya dịkasi egwu, kama ọ nọkwa n'echere Jisọs n'oge ije ozi ya, mgbe ọ g'etinyekwara ya ụkwụ aghụghọ ya n'oge dị iche-iche. O nwekwara olile-anya imeri Ya site n'ikpasu ndị ahụ n'agaghị anabata Jisọs, ka ha kpo ya asi ma chọọkwa ila ya n'iyi. Ekwensu nwere nzukọ pụrụ iche ya na ndị mụọ-ozi ya. Ha nwetara mkpọchụ-iru nwekwa oke iwe na ọnụma n'ihi na ọ dighị ihe ha metara Ọkpara Chineke ahụ. Ha kpebiri na ha g'adi aghụghọ karịsia, ma werekwa ike ha n'ụzọ kachasi elu ikpali ekweghị-ekwe n'obi ndị obodo nke aka Ya nihe banyere Jisọs ibu onye- nzọpụta nke ụwà, ma sitekwa n'ụzọ dị otua mee ka obi Jisọs daa mba n'ije ozi ya. Nagbanyeghị otu ndị Juu pụrụ iji hazie ememe nile ha na nchụ-àjà niile ha, ọbụrụ na ha pụrụ ime ka anya ha kpue ìsì n'ihe banyere okwu niile nke amụma, ma meekwa ka ha kwenye na ọ bụ onye-eze uku nke ụwà, bụ onye g'emezu amụma ndịa, ha ga edebe uche ha na—agbatikwa ya ka Mesaia ahụ bia.

Mgbe ahụ ka e gosịrị m na Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nọ n'ọlụ nke ukuu n'oge ije-ozi nke Kraist, n'emeju obi ndị madụ n'ekweghị-ekwe, ịkpọ-asị na ịkwa-emo. Mgbe niile, ka Jisọs kwupụtara nke bụ ezi-okwu n'atụ ha nmehie ha n'anya, ha n'abụ ndị a kpasuru iwe. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya rugidesikwara ha ike iwepu ndụ Ọkpara Chineke ahụ. Otu mgbe ha weliri nkume ịtụ Ya, kama ndị mụọ-ozi chebere ya, ma kuru ya pụa site n'etiti igwe madụ ahụ ndị iwe ji, rue ebe o nwere ahụ udo. Ozọkwa dịka ezi-okwu n'ada site n'ọnụ ya dị nsọ, igwe madụ ahụ jidere ya, wee dọkpụrụ ya rue elu-ugwu, ka ha kwatue ya n'àlà. Oke ndọndọ wee pụta n'etiti onwe ha banyere ihe ha g'eme Ya, mgbe ndị mụọ-ozi zonarikwara ya n'anya igwe madụ ahụ o wee n'esitekwa n'etiti ha gabiga, ma chọro ụzọ ya.

Ekwensu nọgidekwara n'olile-anya ya na atụmatụ ya niile ime ka obi madụ niile sie ike, ma nwekwa uche ọjọọ medgide Jisọs. Ọ bụkwa ọchịchọ ya ka ọnụ-ọgụgụ ndị g'anabata ya dịka Ọkpara nke Chineke dị naanị ole-na-ole, ka Jisọs hụta nhụju-anya ya na ịchụ-àjà ya dịka ihe karịrị akarị ime n'ihi ọgbakọ nta dị otua. Kama a hụrụ m na asikwa na o bụ naanị nkpụrụ madụ abụa bụ ndị g'anabata Jisọs dịka Ọkpara Chineke ikwenye na ya rue nzọpụta nke nkpụrụ-obi ha, ọ g'emejupụtakwa atụmatụ ahụ.

Jisọs malitere ọlụ ya site n'itiwa ikike ahụ nke Ekwensu nwere n'aru ndị n'ata ahụhụ. Ọ gwọrọ ndị taworo ahụhụ site n'ikike ọjọọ ya. O nyeghachiri ndị orịa aru-ike ha, Ọ gwọrọ ndị ngwọrọ, ma meekwa ka ha wulie elu nime ọñụ nke obi ha, nyekwa Chineke otuto. O mere ndị-ìsì ka ha hụ ụzọ, nyeghachikwa arụ-ike site n'ike ọjọọ nke Ekwensu ọtụtụ afo. Ndị n'adighị ike, ndị nọ n'ụjo, na ndị dara mba, Ọ kasichara ha niile obi site n'okwu amara. O mere ndị nwụru anwụ ka ha bilie, ndị madụ nyekwara Chineke otụtọ n'ihi ike Ya nke e mere ka o pụta ihe n'ụzọ dị ukuu. O lụrụ oké olu-ebube nye ndị niile kwere na Ya. Ọbụna

ndị niile n'adịghị ike nọkwa na nhụju-anya ndị Ekwensu jidere na nmeri ya. Jisọs napụtara ha site n'aka ya, ma wetara ha site n'ike nke ya, izu-oke nke arụ, na oke ọñụ na obi-ụtọ.

Ndụ nke Kraist jupụtara na ọmiko, obi-ebere na ihụnanya. Ọ n'etinye uche n'anakwa ntị, n'emekwa ka ndị biakutere Ya nwere onwe ha pụa n'ọnọdụ ọjọọ ha niile. Igwe madụ n'ebu ihe-àmà ndịa n'arụ ha n'egosi ike nke Chineke. Ma otu ọdị, ọtụtụ nime ha, ngwa-ngwa a luzuru ọlụa, n'emekwa ihere n'ebe Ọ nọ bụ onye a dị ume-àlà nke bụkwa Onye-ozizi ukuu. N'ihi na ndị-isi ekwenyeghị na ya, ha achọghị isoro Ya taa ahụhụ. Ọ bụ onye n'eri uju marakwa ihe mgbu. Kama naanị madụ ole na ole nagịdere ụdi ndụ ya nke anya-udo, na ndụ Ya nke ijụ onwe-onye. Ọ bụ ihe ụtọ ha inwe nsọ nke ụwà n'enye. Ọtụtụ sokwara Ọkpara Chineke, n'añakwa ntị n'ozizi Ya niile, n'erijukwa afọ n'ime okwu-amara niile nke si n'ọnụ Ya pụta. Okwu ya niile jupụtara n'amamihe, ma dịkwa lariị, nke ọbụna onye n'adịghị ike pụrụ ighọta.

Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nọkwa n'ọlu. Ha mere ka anya ndị Juu kpue isi ma meekwa ka echiche ha gbaa itiri. Ekwensu kpaliri onye-isi ha na ndị-ọchịchị ka ha were ndụ ya. Ha zigara ndị-isi ozi idọkpụta Jisọs nye ha, ma ka ha n'abiaru nsọ ebe Ọ nọ, ha hụrụ ihe iju-anya nke ukuu. Ha hụrụ Jisọs ka o jupụtara n'obi ahụzi na ebere mgbe Ọ n'ele ọnọdụ ọjọọ nke madụ. Ha hụrụ ya nime ihụn'anya na obi dị nro ka Ọ n'ekwu okwu agbam-ume nye ndị n'adịghị ike na ndị e tiri ihe-otiti. Ha nụkwara ya, ka o ji olu-ike, n'abara ike nke Ekwensu mba, n'akpọkwa ndị a dọtara n'agha, ka ha nwere onwe ha. Ha gere-ntị n'okwu amamihe ndịa si n'ọnụ ya pụta. Ha apụghịkwa imetụ ya aka. Ha wee gbara-aka laghachikuru ndị nchụ-àjà na ndị okenye n'akpụtaghị Jisọs. A jụrụ ndị ozi ahụ ajụjụ, gịnị mere unu akpụtaghị ya? Ha wee gba-àmà ihe ha hụrụ banyere ihe iribama Ya dị iche-iche, na okwu-nso nke ezi ako-nuche, ihụnanya na amamihe nke ha nụworo, ma kwupụtakwa n'ikpeazụ si, na ọdịghị mgbe ọbụla madụ kwuworo okwu dịka nwoke a. Ndị-ìsì nchụ-àjà bọkwara ha ebububo na e duhiewọkwa ha. Ụfọdụ n'ime ha mekwara ihere na ha lọtara na akpụtaghị Ya. Ndị-ìsì nchụ-àjà jụkwara ajụjụ nkwam'emo ma ọdị ndị-isi kwenyere na Ya. A hụrụ m na ọtụtụ ndị ọkikpe na ndị okenye kwenyekwara na Jisọs. Kama Ekwensu gbochiri ha ikwupụta nka. Ha n'atụ egwu ịta-ụta nke madụ karị ka ha n-atụ egwu Chineke.

Ka ọdị ugbua, aghụghọ na ikpọ-asi nke Ekwensu ak'emebighị atụmatụ nke nzọpụta ahụ. Oge nmezu nke ihe Jisọs bụ n'obi bia n'elu ụwà n'abiaru nso. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya wee nwee nzukọ, ma kpebie ikpali obodo nke aka Kraist ka ha tisie nkpu ike ighọ ya ọbara, ma chọta ihe ọjọọ na nkwam-emo a g'ebogịde Ya. O nwere olileanya na Jisọs g'enwe obi-ọjọọ megide nmeso dị otua, ma rapụ inọgịde na nweda onwe ya àlà na ịdị umeàlà n'obi.

Ka Ekwensu n'ahazi atụmatụ ya ndịa, Jisọs nwere nlekụrụ-anya n'ikpuhere ndị n'eso ụzọ Ya bụ nhụju-anya nke n'ọghaghị igabiga. Na a g'akpọgịde ya n'obe, kama na ya

g’ebilikwa ọzọ n’ụbọchị nke atọ. Kama nghọta ha dị ka nke ntị-ike. Ha aghotaghị nke ọma ihe Ọ gwara ha.

Isi Nke 6—Nnwogha Ahụ

Ahụrụ m na okwukwe nke ndị n'eso ụzọ Ya nwetara agbam-ume nke ukuu site na nwogha ahụ. Chineke họọrọ inye ndị n'eso ụzọ ya ihe ngosi sịrị ike na Ọ bụ ya bụ Mesaia ahụ e kwere na nkwa, ka ọbụna nime iri-uju na mkpọchụ-iru ha adgaghị etufucha ntukwasị-obi ha. Na nnwogha ahụ, Onyenwe-anyị zigara Mosis na Elaija ikwuru Jisọs okwu banyere nhuju anya na ọnwụ ya. Kama ihọrọ ndị mụọ-ozi ikparitere Ọkpara ya ụka, Chineke họọrọ ndị nweworo rị amamihe n'ime ndụ nke ọnwụnwa niile nke elu-ụwà. Naanị ndị n'eso ụzọ Ya ole na ole ka e kwere ka ha nọyere ya ma hụkwa iru ya ka o nwụpụrụ site n'ebube nke Chineke, ma hụkwa uwe Ya ka ọ chapụrụ na ebguke-egbuke, ma nụkwa olu nke Chineke, n'ike n'oke-ebube, ka ọ n'asị Nka bụ Ọkpara m hụrụ n'anya, nụrụ nụ olu Ya. Elaija na Chineke ejekowori ije, ọlụ ya adighị mgbe ọbụworo ihe obi-ụtọ. Chineke sitekwara n'aka ya maa nmehie ụta. Ọ bụkwaara onye-amụma nke Chineke, bụrụkwa rị onye gbaworo ọsọ site n'otu ebe rue n'ebe ọzọ n'ihi izọpụta ndụ ya. A chụrụ ya nta dịka anụ ndọgbu ka e wee bibie ndụ ya. Ma Chineke kpọọrọ Elaija laa na ndụ. Ndị mụọ-ozi kuuru ya n'ebube n'ọñụ nke nmeri rue eluigwe.

Mosis abuwọkwa ri nwoke nke Chineke nyere ùgwù rie nne. Ọ dikwara ukuu karị onye ọbụla ọzọ bụru ya ụzọ bie ndụ n'ụwà. Ọ hụtara amara ikwuru Chineke okwu iru-na-iru dịka madụ na enyi ya si ekwurite okwu. E nyere ya ohere ihụ ìhè ahụ n'enwụ enwụ na ịdị mma nke ebube ahụ n'ekpugide Nna ahụ. Site n'aka Mosis Onyenwe-anyị napụtara ụmụ Izrel pụa n'oru nke Ijipt. Mosis bụkwaara onye-ogbugbo nye ụmụ Izrel. Mgbe niile ka a ọ n'eguzo n'agbata ha na iwe-ọkụ nke Chineke. Mgbe ọbụla iwe-ọkụ nke Chineke binwụru megide Izrel n'ihi ekweghị-ekwe ha, ntamu ha, na nmehie ha dị ukuu, ihụnanya Mosis n'ebe ha dị ka a n'anwale. Chineke kwere ya nkwa sị ọbụrụ na ọ g'enye ohere, ka ya bibie Izrel, na Ọ g'esitekwa na ya mụta mba ọzọ dị ukuu. Mosis gosịrị ihụnanya ya n'ebe izrel nọ site nịrịosi arịrịọ ike n'isi ha. N'obi nke ịda mba ya ọ riọrọ Chineke ka O chegharịa site n'iwe ya dị oke egwu, ma gbahara Izrel, mọbụ ka O hichapụ aha ya site nakwụkwọ Ya.

Mgbe Izrel tamuru ntamu megide Chineke megịkdekwa Mosis, n'ihi na ha e nwetaghị miri, ha boro ya ebubo idupụta ha igbusi ha na ụmụ ha. Chineke nụkwara ntamu ha niile, wee gwa Mosis ka o kwue okwu nye nkume, ka ụmụ Izrel nweta miri. Mosis tiri nkume ahụ ihe n'iwe, wee were otuto nye onwe ya. Inọgịdesike na nkpafu na ntamu nke ụmụ izrel a kpatoworo ya oke iri-uju na ochefuru na nwoge ka ora bụ ịdị ukuu nke nnagide nke Chineke n'ebe ha nọ, na ọbụna ntamu ha abụghị megide Mosis, kama ọ bụ megide Chineke. Naanị banyere onwe ya ka o chere, otu e mehieworo ya rie nne, na otu ha siri nweghị obi-ekele nye ya, n'ihi omimi nke ihụnanya ya n'ebe ha nọ.

Ka Mosis tiri nkume ahụ ihe, ọ rapụrụ inye Chineke nsọspụrụ na ibuli Ya elu n'iru ụmụ Izrel ka ha wee nye Chineke otuto. N'ihi nka, Chineke were iwe megide Mosis, wee

kwue na ọ gaghị abanye nàlà nkwa ahụ. Ọ bụ ụkpụrụ Chineke inwapụta Izrel mgbe niile site nịkpọta ha nọnọdụ nkpa, ma n' ime oke-mkpa ha kwa, igosipụta ike Ya, ka o wee nọgide nuche ha, ka ha n' enyekwa Ya otuto.

Mgbe mosis rịdatara site nugwu ahụ n'ejidekwa mbadamba nkume abụa ahụ, wee hụ Izrel ka ha n'efe nwa ehi ola-edo ahụ, iwe ya kpaliri nke ukuu, na ọ tọgbọrọ mbadamba nkume abụa ahụ ma kurie ha. Ahụru m na Mosis e mehieghị n'omume nka. Ọ bụ iwe nke Chineke ka o were, nwekwa ekworo n'ihi otụtọ Ya. Kama mgbe ọ danyere n'ọchịchọ-obi nke anụ-arụ, ma nara otuto nye onwe ya, nke dịrị naanị Chineke, o mehiere, n'ihi nmehie nka kwa, Chineke e kweghị ya ka ọ banye àlà nkwa ahụ.

Ekwensu nọkwa ri n'achọ ihe o g'esite na ya bo Mosis ebubo n'iru ndị mụọ-ozi. Ekwensu ñụrịrị na nmeri n'ihi na o mewo ya ka o mejọọ Chineke, o wee ñuria na nka, wee gwa ndị mụọ-ozi na mgbe Onye-nzọpụta nke ụwà g'abia ịgbapụta madụ, na ya g'enwe ike imeriekwa ya. N'ihi nmehie nka Mosis batara n'okpụrụ ike nke Ekwensu — bụ ike nke ọnwụ. Asi na ọ nọgidesịrị ike, ma meghịkwa nmehie site n'inara otụtọ nye onwe ya, Onyenwe-anyi gaara akpọrute ya àlà nkwa ahụ, ma kpọrọkwa ya na ndụ la eluigwe nahụgh ọnwụ anya. A hụrụ m na Mosis gabigara site n'ọnwụ, kama Maikel rịdatara wee nye ya ndụ tutu arụ ya nata ire-ure. Ekwensu kọọrọ arụ ahụ dịka nke ya, kama Maikel kpọtere Mosis site n'ọnwụ, ma kpọrọkwa ya laa n'eluigwe. Ekwensu nwara ijide arụ ya, wee kọchaakwa Chineke nke ukuu, ma gụa ya n'onye ikpe n'ezighị-ezi, n'inara ya ihe bụ nke ya. Kama Maikel abaghị mba ọbụla nye Ekwensu, ọ bụ ezie na ọ bụkwarị site n'ọnwụnwa na ike ya ka oru nke Chineke ahụ dàrà. Kraist ji obi dị ume-àlà nyefee ya n'aka Nna ya, n'asị, Onyeanwe-anyi baara gị mba.

Jisọs gwara ndị n'eso ụzọ ya na ọ dị ụfọdụ n'ime ndịa n'eguzo n'iru ya n'agaghị edetu ọnwụ ire rue mgbe ha g'ahụ àlà-eze Chineke ka ọ n'apụta ihè n'ike. N'ugwu nke nnwogha ahụ, nkwa nka mezuru. Ọdịdị iru nke Jisọs gbanwere, n'enwụkwa dịka iru anyanwụ. Uwe Ya n'enwụ ọcha n'egbukekwa egbuke. Mosis nọkwa n'ebe ahụ, inọchite-anya ndị niile a g'eme ka ha si n'ọnwụ bilie n'ọbịbịa-abụa nke Jisọs. Ma Elaija onye a kpọọrọ laa n'eluigwe nahụgh ọnwụ anya nọchitere anya ndị niile a g'enwogha baa n'anwụghị-anwụ n'ọbịbịa-abụa nke Kraist, nke n'ahụghị ọnwụ anya g'abu ndị akpọrọ na ndụ ha laa n'eluigwe. Ndị n'eso ụzọ ya legịdere anya n'egwù na iju-anya bụ ịdị-mma na ịdị ukuu nke Jisọs, ọbụna igwe ojii nke pkuchiri ha, ma nụkwa olu nke Chineke n'ime ebube nke ịdị ukuu Ya, ka ọ n'asi "Nka bụ Ọkpara m hụrụ n'anya nụrụ nu olu Ya.

Isi Nkɛ 7—Nrafu A Rafuru Kraist

Mgbe ahụ ka e kuuru m biarue n'oge ahụ mgbe Jisọs riri nri-anyasi ahụ Ya na ndị n'eso ụzọ Ya. Ekwensu e duhiewori Judas, ma dubarakwa ya iche na ya bụ otu n'ime ezi ndị n'eso ụzọ Kraist, kama obi ya nọgidere n'ọnọdụ nke anụarụ. O hụwọkwa ri ọlụ-ebube dị iche-iche nke Jisọs, o nọyerewọkwa ya n'oge niile ndịa nke ije-ozi ya, ma kwerekwa site nihe niile gosiputara na ọ bụ ya bụ Mesaia ahụ; kama ọ bụ onye anya-uku. Ọ hụrụ ego nanya. O mere mkpesa n'iwe banyere manu-otite ahu dị oke-ọnụ-ahia nke a wuru n'aru Jisọs. Meri hụrụ onye-nwe ya n'anya. Ọ gbaharawo ya nmehie ya niile dị ọtụtụ, ma kpolitekwa nwanne ya nwoke a hụrụ n' anya nke ukuu site na ndị nwụru-anwụ, na o chetara na ọdighị ihe dịkarị oke ọnụ-ahia inye Jisọs. Ka manụ ahụ na adịkarị oke ọnụ-ahia ka ọ g'adịrị Meri mma iji gosipụta obi-ekele o nwere n'ebe onye-nzọpụta ya nọ site na inye ya. ma Judas, iji kwachie anya-uku ya, ọ sịrị na a pụrụ ire manụ a were nye ndị ogbenye. Kama Ọ bụghịkwa na ọ nwere nlekụrụ-anya ọbụla n'ebe ndị-ogbenye nọ; n'ihi na o jupụtara na onwe-onye, n'emekwa ihe sọrọ ya site n'akpa-ego nke e nyere ya n'aka ichebe n'ihi inyere ndị ogbenye aka. Judas a dighịkwa egosi nlekuru-anya ọbụla nihe banyere ọdị-mma na nkpa nke Jisọs, ma ọ neji ihe banyere ndị-ogbenye ahụchi anya omume nke anya-uku ya. Ma omume nka nke Meri mere pụtara n'ezie itụ ya nmehie n'anya megde ndụ anya-uku o nwere.

Ụzọ ahụ ka e doziri nye ọnwụnwa Ekwensu inweta ezi ọnọdụ n'obi Judas. Ndị Juu kpọrọ Jisọs asị; kma igwe madụ n'ejeso Ya ịnụrụ okwu amamihe site n'ọnụ Ya, na ihụ ọlụ-ebube Ya dị iche-iche. Nka n'akpọpụ akọ-nuche ndị madụ site n'ebe ndị isi nchụ-aja na ndị okenye nọ, n'ihi na ndị madụ n'enwe nmasị dị omimi na inụ-ọkụ n'obi isoro Jisọs, ma nụrụ ndụmọdụ nile nke Onye-ozizi a dị-ebube. Ọtụtụ ndị-isi ọchịchị kwekwara na Jisọs, ma ha n'atụ egwu ikwupụta ya, n'atukwa ụjọ na a g'achụpụ ha na nzukọ. Ndị nchụ-àjà na ndị okenye wee kpebie na a ghaghị ime ihe g'atụgharị uche ndị madụ site n'ebe Jisọs nọ. Ha tụrụ egwu na madụ nile g'ekwere na Ya. Ha ahụghịkwa ọnọdụ udo nke onwe ha. Ha aghaghị itufu ọnọdụ ha dị elu mọbu nye Jisọs n'aka ọnwụ. Ma ọbụna mgbe ha gbusịrị Jisọs, ọdịkwa ndị ọzọ dị ndu bụrụkwa ndị-àmà nke ike ya. Jisọs a kpọtewori Lazarọs site na ndị nwụrụ-anwụ. Ma ha tụrụ egwu na ọbụrụ na ha gbue Jisọs, Lazaros n'onwe ya g'agbakwa àmà ike ebube ya. Ndị madụ na-gbakọ ihụ ya bụ onye a kpọteworo site na ndị nwụrụ-anwụ, ma ndị isi-ọchịchị kpebiri igbukwa Lazarọs ka e wee menyụọ obi ndị madụ. Mgbe ahụ ndị madụ g'echigharikwa isoro omenàlà na ụkpụrụ nke madụ, ikwụ otu-ụzọ n'ụzọ iri nke ihe ọbụla, bụrụkwa ndị e nwere nhụku sịrị ike n'arụ ha ọzọ. Ha kwekọrọ idọkpụrụ Jisọs mgbe ọ nọdụrụ onwe ya; n'ihi na ọbụrụ na ha g'anwa idọkpụrụ ya site n'etiti igwe madụ mgbe uche ndị madụ nọ narụ ya ha g'atụkwa ha nkume.

Judas matara ọnụnụ-ọkụ nke obi ha inweta Jisọs, ma kwenye irara Ya nye naka ndị-isi nchụ-aja na ndị okenye n'ihi nkpụrụ ọla-ọcha ole na ole. Ihụ ego n'anya dubara ya

ikenye irara Onyenwe ya nye n'aka ndị iro ya. Ekwensu na alụ ọlụ ya site n'aka Judas, ọbụna mgbe nri-anyasi ahụ dị oke mkpa n'aga n'iru, ọ nọkwa n'akpa nkata ịrara Jisọs nye. Jisọs sitere n'obi ilu gwa ndị n'eso ụzọ ya na ha niile ka a g'emehie n'ihi Ya, n'abali ahụ. Ma Pita kwesịrị olu ike ma kwue si na Ọ bụrụkwa na madụ niile pụrụ ibụ ndị e mehiere n'ihi ya, ya onwe ya apụghị ibu. Jisọs wee si Pita, Ekwensu achowo ri inweta gị, ka o wee yọchaa gị dịka oka; ma mu onwe m ekpewo ekpere n'isi gị, ka okwukwe gị ghara ida; ma mgbe e mere ka i chegharia, gị meekwa ka ụmụ-nna gị guzosie ike.

N'oge ahụ e letara m Jisọs n'ogige ahụ Ya na ndị n'eso ụzọ ya. N'ọnọdụ iri-uju dị ukuu Ọ gwara ha ka ha chee-nche kpeekwa ekpere ka ha ghara ịba n'ọnwụnwa. Jisọs matara na okwukwe ha g'abụ ihe a nwara, na olile-anya ha g'enwekwa mkpọchụ-iru, na ihe kwesịrị ha g'abụ ike ahụ nke a pụrụ inweta naanị site n'iche nche na ikpesi ekpere ike. Site n'iti mkpu dị ike ma ikwa akwa, Jisọs kpere ekpere, "Nna, ọbụrụ na ọ masịrị Gị, wezuga iko a n'ebe m nọ, ma otu ọdị, Ọ bụghị dịka ọchịchọ m si dị, kama ka e mee ihe Ị n'achọ. Ọkpara Chineke kpere ekpere n'oke ihe mgbu. Ọkpụrụkpu ajịrịja dịka ọbara n'asọpụtakwa Ya n'arụ, n'adasị n'àlà. Ndị mụọ-ozi nọkwa n'erụgharị n'ogige ahụ, na-hụkwa ọnọdụa, mgbe naanị otu n'ime ha ka e zigara ịgba Ọkpara Chineke ume n'ime ihe mgbu Ya. Ndị mụọ-ozi nke eluigwe tọgbọrọ okpu-eze ha na ụbọ-akwara ha, ma site na nwụte dị mimi n'ele Jisọs. Ọ dịghịkwa ọñụ dị n'eluigwe. Ọ bụ naanị ọchịchọ ha ịgbagide Ọkpara Chineke gburu-gburu, kama ndị ndu ha gbochiri ha, mọbụghị otua, ka ha nele mge a n'arara ya nye; ha gara anapụta ya, n'ihi na atụmatụ a ka e doziworo rịị nke n'agaghị imezu.

Mgbe Jisọs kpesịrị ekpere, Ọ biara ile ndị n'eso ụzọ ya. Ha nọ n'araru ura. O nwetaghị nkasi-obi na ekpere ọbụna nke ndị n'eso ụzọ ya n'oge awa ahụ dị oke-egwu. Pita onye jupụtakwara ri na oke inụ-ọkụ nke obi na nwoge gara-aga, nọdụkwara n'oke ura. Jisọs chetaara ya ọnọdụ ya na nkwupụta ya niile, wee si ya, Gịni kwa! Ọ bụ na inweghị ike isoro m chea nche naanị otu awa? Ugboro atọ ka Ọkpara Chineke kpere ekpere na obi mgbu, mgbe Judas, na igwe ndị-agha ya biaruru nso. O jekuru Jisọs dịka ọ n'emekwa mgbe dum ikele Ya ekele. Igwe madụ ahụ gbakwara Jisọs gburu-gburu; kama n'ebe ahụ o gosiputara ike nke O ji bụrụ chi, mgbe ọ sịrị, onye ka unu na achọ? Ọ bụ mu onwe m. Ha niile dàlàra azụ daruekwa àlà. Jisọs jụrụ-ajụjụ nka ka ha hụ ike ya, marakwa na Ọ pụrụ izọpụta onwe Ya site n'aka ha m'ọbụrụ na Ya chọro.

Ndị n'eso ụzọ ya malitere inwe olileanya mgbe ahụ ha hụrụ ka igwe madụ ahụ dara n'àlà n'adighị ihe meworo ri eme ha na mma ha na ụta na ubè-arọ ha. Mgbe ha biliri ọzọ n'agbkwa Ọkpara Chineke gburu-gburu, Pita mipụtara mma-agha ya ma bipu ntị otu onye. Jisọs gwara ya ka ọ mighachi mma-agha ya, ma sịkwa ya, i chere na enwegh m ike ịrịọ Nna m ugbua, na Ọ g'ezitekwara m ugbua ihe karịrị lejiọn ndị mụọ-ozi iri na abụa? A hụrụ m na mgbe ọ n'ekwu okwu ndịa, ndị mụọ-ozi paliri iru ha. Ọ masịrị ha mgbe ahụ, n'ebe ahụkwa, ịgba onye isi ha gburu-gburu, na ichụsasị igwe ndị aghara ahụ. Ma ọzọkwa o

wutere ha mgbe Jisọs tinyekwara n'okwu Ya si, kama ole otu ihe e deworo n'akwụkwọ-nsọ g'esi mezue, na otua ka ọ ga adi? Obi ndị n'eso ụzọ Ya dara-mba ọzọ ma nwekwa mkpọchụ-iru nke ukuu, ka ha hụrụ na Jisọs kwere ka ha dọkpụrụ Ya pụa.

Ndị n'eso ụzọ ya tụrụ ụjo ndụ nke onwe ha, wee gbafusie, onye ọbụla n'ụzọ nke ya, ma Jisọs a bụrụ onye a rapụrụ naanị ya. O, lee ka Ekwensu n'añụrị ọñụ nmeri mgbe ahụ! Ma leekwa ka ndị mụọ-ozi Chineke nọ na nwụte na iri-uju n'oge ahụ. Ọtụtụ nkega dị iche-iche nke ndị mụọ-ozi dị nsọ na onye-ndu ha topụrụ-etọpụ, ka e zipụrụ ilere ọnọdụ ahụ. Ọ bụ ọlụ ha ideda omume ọbụla, nkpari na aruru-àlà nile e mesoro Ọkpara Chineke, na ideda ihe-ufu na nhụju-anya niile nke Jisọs, n'ihi na madụ ndịa g'ahụkwa Ya ọzọ na ndụ.

Isi Nke 8—Ikpé Nke Ekpèrè Jisọs

Ndị mụọ-ozi, ka ha rapụrụ eluigwe, n'obi dị ilu, kpupusia okpu-eze oma ha niile. Ha apụghị iyiri ha mgbe Onye-isi ha na ahuju-anya, n'ekpukwa okpu-ogwu. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nọkwa n'ọlụ n'ime ụlọ-ikpe ahụ ịla obi ndị madụ n'iyi. Nhụku ha merụrụ ọnọdụ ebe ahụ. Ndị isi nchụ-àjà na ndị okenye ka ha kpalikwara ikwụtọ na ịkparị Jisọs, n'ụzọ dịkasịrị njọ nke anụ-arụ n'apụghị inagide. Ekwensu nwekwara olile-anya na ụdị mkparị ndịa na nhụju-anya nka g'edubara Ọkpara Chineke ime mkpesa m'ọbu ịtamu-ntamu; m'ọbukwa na Ọ g'egosiputa ike nke O ji bụrụ Chi, ma dọpụta onwe ya site n'aka igwe-madụ ahụ, sitekwa n'ụzọ dị otua mee ka atụmatụ nke nzọpụta ahụ daa.

Pita sogidere Onye-nwe ya sitekwa na mgbe ahụ a raara Ya nye. O nwere ọnụnụ-ọku n'obi ihụ ihe a g'eme Jisọs. Ma mgbe e boro Ya ebubo ibu otu n'ime ndị n'eso ụzọ Ya, ọ gọnarịrị nka. Ọ n'atụ ụjọ ndụ ya, ọbụna mgbe e kwutara na ọbụ otu n'ime ha, o kọwara na ya a mataghị onye ọ bụ. Ndị n'eso ụzọ ya bụ ndị a màara nke-ọma site n'izi-ezi nke okwu-ọnụ ha, ma n'ụzọ iduhie ha na ime ka o wee ha anya na ya abụghị otu n'ime ndị n'eso ụzọ Karist, Pita gọnarịrị nke ugbo atọ site n'ikpọ iyi na ịdụ-isi. Ma Jisọs, onye nọkwa Pita nso, tụgharịrị anya iri-uju Ya ma lee ya n'ụzọ ịta ya ụta. Mgbe ahụ ka o chetara okwu Jisọs gwara ya n'ụlọ-elu, na nke ya onwe ya kwuwọkwara sị, asịkwa na madụ niile ga-àmà n'ọnya a pụghị ime ka mu-onwe m ma n'ọnya n'arụ Gị. O gọnarịrị Onyenwe ya ọbụna site nikpọ-iyi na idụ-isi. Kama anya ahụ nke Jisọs lere ya tiwara ya obi n'otu oge ahụ, ma zọpụtakwa ya. Ọ kwara akwa dị ilu ma cheghariakwa site n'oke nmehie a ma bụrụkwa onye a gbanwere na onye a kwadebere iji mee ka ụmụnna ya guzozie.

Igwe madụ ahụ nọkwa n'eme ùzù nke ukuu n'ọhichọ ighọ Jisọs ọbara. Ha piara Ya ihe arụrụ-àlà, werekwa nkịkara-akwa uhie uwe-nwụda onye-eze yikwasị ya n'ọnọdụ ikwa Ya emo, werekwa okpu-eze nke e jiri ogwu mee kpukwasi n'isi Ya dị nsọ. Ha werekwa nkpa-n'aka eze nkwam-emo tụkwasị ya n'aka, ma rudatakwa àlà ekele ikwa-emo n'asi Ya, ekele-o eze ndị Juu. Mge ahụ ka ha napụkwara Ya mkpa-naka ahụ ma werekwa ya kụa Ya n'isi, nke mere ka ogwu ndị ahụ kpọsfusie Ya isi na ọbara sọchiri n'iru ya na afụ-ọnụ Ya

Ọnọdụ nka sịrị ike ndị mụọ-ozi ịnagide. Ha pụrụ inapụta Jisọs site n'aka ha; kama onye isi ha gbochiri ha, n'asị na ọ bụ ụgwọ dị ukuu ka a ga akwụ n'isi madụ; na a ghaghị imezukwa ya, ọ bụ kwa ya ga akpata ọnwụ nke onye ahụ nwere ike nke ọnwụ. Jisọs matara na ndị mụọ-ozi n'ahụkwa ọnọdụ nweda n'àlà niile ndịa. A hụrụ m na ọbụna mụọ-ozi nke dịkasịrị àlà n'ike g'eme ka igwe madụ ahụ daa n'àlà, ma napụtakwa Jisọs. Ọ matara na ọbụrụ na Ọ chọrọ nka n'aka Nna ya, a ga ezipụtakwa ndị mụọ-ozi n'otu oge ahụ inapụta Ya. Kama ọ bụ ihe dị nkpa na Jisọs hụrụ ọtụtụ ahụhụ ndịa site n'aka madụ ndị n'emebi iwu, ka e wee mejupụta atụmatụ nke nzọpụta.

N'ebe ahụ ka Jisọs guzoro, n'obi dị ume-àlà na nnweda n'àlà n'iru igwe madụ ahụ obi tara-miri mgbe ha n'akpọ Ya iyi niile jọkasịrị njọ. Ha bụrụ Ya ọnụ miri n'iru — iru ahụ nke otu ụbọchị ha g'achọ izonarị onwe ha, nke g'enyekwa ihìe n'obodo nke Chineke, n'enwụkwa karị anyanwụ - kam'ọbụna anya-iwe ka Ọ n'eleghị ndị nmehie ahụ. Naanị site n'obi dị ume-àlà ka O weliri aka Ya hichasia ya. Ha jiri akwa ochie wee kpuchie iru Ya, ma kpuchiekwa anya ya abụa, ma tie ya aka-ntị, wee tikue ya sị, bue amụma gwa anyị onye tiri gị aka ahụ. Ndị mụọ-ozi nwetara ọgbaghara n'ime onwe ha. Ọ bụ nmasị ha ịbịa napụta ya n'otu ntabi anya ahụ; kama onye-ndu ha gbochiri ha.

Ndị na eso-ụzọ ya e nwetawo ri agbam-ume ibanye n'ebe Jisọs nọ, ilere otu e si ekpe ya ikpe. Ha tụrụ anya na Ọ g'egosipụta ike Ya dịka Chineke, ma zọpụta onwe Ya site n'aka ndị iro ya, ma taakwa ha ahụhụ n'ihi omume-ọjọọ ha n'emegide Ya. Olileanya ha n'ebili n'adakwa site na ọnọdụ dị iche-iche nke ije ikpe ahụ. Mgbe ụfọdụ ha n'enwe obi-abụa, n'atụkwa egwu na ha bụ ndị e duhieworo. Kama olu ahụ nke ha nụworo na ugwu nke nnwoha ahụ, na ebube ahụ nke ha hụkwara, gbara ha ume na onye a bụ Ọkpara Chineke n'ezie. Ha chetara ọtụtụ ọnọdụ itu-n'anya dị iche-iche nke ha bụkwa ndị àmà ya, ọtụtụ ihe iribama dị iche-iche nke ha hụworo Jisọs mere n'ịgwo ndị ọria, imehe anya ndị-ìsì, ịgbahe ndị ntị-ike, ịchapụrụ ndị mụọ-ọjọọ anya na ịchụpụ ha, ime ka ndị nwụru-anwụ bilie na ndụ, ọbụna ibara oke-ifufe mba o wee ñaa Ya ntị. Ha e kwenyeghị na Ọ g'anwụ. Ha nwere olile-anya na ọ gerukwa mgbe Ọ g'amalite ike ya werekwa olu-ike chụsasịa ndị ogbu-ara-ọbara niile ahụ, dịka mgbe ahụ Ọ banyere n'ụlọ ukuu Chineke wee chụpụsịa ndị ahụ ji ụlọ Chineke mere ebe a nọ a zụ ahia; mgbe ha gbapụrụ n'iru Ya ka a gasị na ụsụụ ndị-agha n'achụ ha ọsọ. Ndị n'eso ụzọ ya nwere olile-anya na Jisọs g'egosipụta ike Ya ka madụ niile kwenye na Ọ bụ ya bụ eze Izrel.

Judas jupụtara n'obi-ilu na ihere n'ihi omume aghụghọ ya n'irara Jisọs nye. Ma mgbe ọ hụrụ mkparị niile e nyere Ya, o wutere ya nke ukuu. O hụrụ Jisọs n'anya kama ọ hụrụ ego n'anya karịa. Ọ bụghị n'obi na Jiso ga ekwe ka ndị ahụ o dutere jide ya. O chere na Jisọs g'eme ihe iribama ịnapụta onwe ya n'aka ha. Kama mgbe ọ hụrụ igwe madụ a kpasuru iwe n'ụlọ-ikpe, ndị n'achọ ighọ Ya ọbara, nmehie ya wutere ya nke ukuu, m'ọbụna mgbe ọtụtụ nọgidere n'ebo Jisọs ebubo, Judas gbapụtara n'iru igwe madụ ahụ n'ekwupụta na ya e mehiewo n'irara Onye aka ya dị ọcha nye ha. O nyeghachi kwara ha ego ahụ ma rịọkwa ka ha rapụ Jisọs, n'ekwukwa na ọ dighị ihe ọjọ ọbụla O mere. Iwe na ngbagwoju-anya jidere ndị nchụ-àjà nwoge na ka ha nọ n'ekwughị okwu ọbụla. Ha achọghị kwa ka ndị madụ mara na ha zụtara otu n'ime ndị n'eso ụzọ Ya ịrara ya nye n'aka ha. Na ha n'achụ Jisọs ijide ya n'ụzọ nzụzọ ka ha chọrọ ikpuchi. Kama nkwupụta nke Judas, na ọdịdị ya dịka alụghara madụ onye ikpe mara, mebọrọ ndị nchụ-àjà ahụ n'iru ọha madụ, n'egosipụtakwa na ọ bụ n'ihi ikpọ asị ka ha jiri dọkpụrụ Jisọs. Ka Judas ji oke iti-mkpu n'ekwupụta na aka Jisọs dị ọcha, ndị nchụ-àjà zara si, Gịni ka nka bu nye anyị? Gị onwe gị lekasịa nke ahụ. Ha e jidewo Jisọs n'ike ha, na nkpebi ime ya ihe masịrị ha. Judas, dịka o jupụtara n'iri-uju

nke obi, wụsara ego ahụ a jụrụ-aju ugbua n'ụkwụ ndị ahụ zụworo ya ọlụ, na n'ime mgbafu obi na ụjọ banyere ihe arụ ahụ o mere, o wee ga kwugbue onwe ya.

Jisọs nwere ọtụtụ ndị n'eriri Ya ahuzi n'ime ọgbakọ ahụ, ma a zaghị ihe ọbụla nye ọtụtụ ajụjụ a jụrụ ya juru igwe madụ ahụ anya. Nye nkparị na nkwam-emo niile, ọdịghịkwa mgbarụ iru ọbụla m'ọbụ ngosi nke nmekpa-aru ọbụla n'iru Ya. O nwere ùgwù nweeka ụdị nke onye kwadoro onwe ya nke ọma. O nwere ọdịdị nke izu-oke niile na nke onye a n'asopụrụ asọpụrụ. Ndị gbakọrọ ebe ahụ lekwasịrị ya anya dị ebube. Ha tulere ọdịdị nke izu-oke ya, iguzosi-ike ya, na ùgwù nke o nwere, n'atụnyere nke ndị ahụ na anọdụ àlà n'ikpe megide ya, wee kwasara onwe ha na Onyea yikarịrị dịka onye-eze kwesịrị ka e nye ya àlà-eze karịa onye ọbụla n'ime ndịa n'achi-achi. O bụghị akara ọbụla nke onye n'eme mpụ. Anya ya doro-edo dịkwa nro, egedege iru Ya dị obosara dịkwa elu. Ọdịdị ya niile nwere ejiri-mara nke onye dị elu a maara ahà ya nwekwara ukpụrụ. Ndịdi ya na ogogogo-ntachi obi ya adighị ka nke madụ ọbụla e kèrè-eké nke mere na ọtụtụ ndị tụrụ egwu. ọbụna Herọd na Pailet tụrụ egwu n'ịdị-ukuu ya na ọdịdị Chineke O nwere.

O doro Pailet anya sitekwa na nmalite na onyea abụghị madụ e ledara anya, kama na Ọ bụ onye zuru-oke na ndụ ya. O kwenyere na aka ya dị ọcha n'ụzọ niile. Ndị mụọ-ozi na agba àmà ọnọdụ ndịa niile letakwara obi nwute nke Pailet, ma hụkwa obi ahụzi na omiko o nwere n'ebe Jisọs nọ, ma n'izọpụta ya ka o ghara itinye aka na omume ọjọọ nke inye Jisọs ka a kpọgide ya n'obe, e zigaara nwụnye ya otu mụọ-ozi ịkpanyere ya ụka site na nrọ na ọ bụkwa ỌkparaChineke ka Pailett n'aga itinye aka n'ikpe ya, na ọ bukwa onye aka ya dị ọcha n'ata ahụhụ. Nwanyịa mere ngwa-ngwa zigara Pailet ozi na ya e nwewo ọtụtụ mkpagbu na nrọ gbasara Jisọs ma dọọkwa ya aka n ntị ka ọ ghara inwe ihe ọbụla megide nwoke a dị nsọ. Onye bu ozi ahụ mekwara ngwa-ngwa lụkara n'etiti igwe-madụ ahụ wee gbarue ma nye Pailet ozi ahụ n'aka. Ka ọ gụrụ ya, ọ mara jijiji, iru ya gbanwekwara. N'otu oge ahụ o nwere nchekube na ya agaghị e tinyekwa aka n'okwua; na ọbụrụ na ha ga anara ọbara Jisọs aka ya a gaghị adi na ya, kama na ya ga agbali inapụta ya.

Mgbe Pailet nụrụ na Herọd nọ na Jerusalem obi tọrọ ya ụtọ, ma nwekwa olileanya inwere onwe ya pụa n'okwua n'enweghị nkwekorite na ya, na ya agaghị etinye aka n'ima Jisọs ikpe ọnwụ. O wee ziga ya, na ndị n'ebo ya ebubo ijekuru Herọd. Herọd nwere obi ike. Ogbugbu o gburu Jọn nyere ya ntụpọ n'ime-mụọ nke n'ọdighị mgbe o nweere onwe ya site na nka, ma mgbe ọ nụrụ ihe banyere Jisọs, na ọlụ ukuu niile ọ luworo, o chere na ọ bụ Jọn biliri n'ọnwụ. Ọ tụrụ ụjọ maakwa jijiji n'ihi na o nwere obi ọmụma-ikpe n'ime onwe ya. Pailet tinyere Jisọs n'aka Herọd. Herọd hụtara nka dịka ụzọ Pailet jiri nabata ikike, na oche-ikpe nke ya. Ha a bụwori ndị-iro ochie, ma ugbua ha n'abụ ndị enyi. Obi tọrọ Herọd ụtọ ihụ Jisọs, n'ihi na ọ tụrụ anya na ọ g'eme ụfọdụ ihe iribama ukuu g'eju ya afọ. kama Ọ bụghị ọlụ Jisọs imejupụta ọchịchọ obi ya. Ike nke Chineke o nwere n'ime ihe-iribama ka ọ g'eji zọpụta ndị ọzọ, ọbụghị n'ihi onwe ya. Jisọs a zaghị ihe ọbụla nye ajụjụ niile nke Herọd jụrụ ya; ọdighịkwa ihe o nwere n'ebe ndị iro ya dị bụ ndị nọgidesịrị-ike

n'ibo ya ebubo. Oke iwe jupụtara Herọd obi n'ihi na Jisọs e gosịghị itu-egwu ọbụla n'ebe ike ya dị, ya mere na ya na ndị-agha ya sitere n'ime ya ihe-ọchị, na njakịrị, we meso Ọkpara nke Chineke. Herọd nwere ihe iju-anya nke ukuu n'ebe Jisọs nọ. ka ọ na ele ịdị ogo ya na ọdịdị Chineke o nwere, ọbụna mgbe a n'eme ya ihe ihere, o wee tụa-egwu ima ya ikpe ọnwụ, ma zighachikwa ya ọzọ n'ebe Pailet.

Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya n'anwakwa Pailet, n'agbalikwa iduba ya rue nbibi nke onwe ya. Ha tinyere n'uche ya na ọbụrụ na o tinyeghị aka n'ịma Jisọs ikpe-ọnwụ, ndị ọzọ g'eme ya; igwe madụ ahụ n'achọsi ọbara ya ike; ọbụrụkwa na o nyeghị Jisọs ka a kpọgide ya n'obe, ọ g'etufu ike ya na ùgwù ya nke ụwà, na a g'akpọkwa ya onye kwenyere na onye-nmegide ahụ, dịka ha kpọrọ ya. Pailet, site n'ụjọ nke itufu ikike ya na ọchịchị, kwenyere n'ọnwụ Jisọs. N'agbanyeghị na ọ tụkwasịrị ọbara Jisọs n'isi ndị n'ebo ya ebubo, nke ha nakweere, na etikwa mkpu si: ka ọbara ya dị n'isi anyị dịkwa n'isi ụmụ anyị, kama a gọpụghị Pailet, ọ bụkwa onye ikpe mara n'ihi ọbara Jisọs. N'ihi ọchịchọ nke onwe ya, na ihụnanya nke o nwere nye ùgwù sitere n'aka ndị a maara áhà ha n'ụwà, o nyere onye aka ya dị ọcha ka ọ nwụa. A sị na Pailet soro ezi akọ-n'uche ya, ọ dighị mgbe ọ gaara etinye aka na ima Jisọs ikpe-ọnwụ.

Ikpe na ọmụma-ikpe ọnwụ nke Jisọs nọkwa ri na alụ ọlụ n'ime obi ọtụtụ madụ; n'enwekwa nhuku dị iche-iche nke ga apụta ihè mgbe nbilite n'ọnwụ ya gasịrị; ọtụtụ madụ kwa g'esokwa nzukọ ndị amamihe na nghọta ha malitere n'oge a n'ekpe Jisọs ikpe.

Ekwensu wekwara oke iwe mgbe o hụrụ na obi-ọjọọ ya nke oji dubara ndị-ìsì nchụ-àjà imegide Jisọs adighị mgbe ọ kpọpụtara ntamụ ọbụla site n'ọnụ ya. A hụrụ m na, ọ bụ ezie na Jisọs weere ọdịdị nke madụ, ike na nnagide nke dị ka nke Chineke kwadoro ya, na o chipụghị ụkwụ site nọchịchọ nke Nna ya ọbụna n'ihe dịkasịrị nta.

Isi Nke 9—Nkpọgide N'obe Nke Kraist

E nyefere Ọkpara Chineke n'aka ndị madụ ka a kpọgide ya n'obe. Ha duuru ezi Onye-nzọpụta ahụ pụa. Ike gwusịrị ya; Ọ magbọkwara amagbọ n'ihi oke arụ-ụfụ na nhuju-anya, nke sitere n'ụtarị na ihe otiti niile ọ nataworo, n'agbanyeghị nka, ha bọkwasịkwara ya obe ahụ dị arọ nke ha ga akpọgide ya n'elu ya n'oge n'eteghị anya. Ma Jisọs tụbọrọ n'okpuru ibu-arọ ahụ. Ugbo atọ ka ha bokwasịrị ya obe-arọ ahụ; ugbo atọkwa ka ọ tụbọrọ. Ha wee jide otu n'ime ndị n'eso ụzọ ya, nwoke nke n'adighị kwupụta okwukwe ya n'ime Kraist nye ọha madụ, kama o kwenyere na ya. Ha bọkwasịrị ya obe ahụ, o wee buru ya rue n'ebe ahụ jọgburu onwe ya. Ụsụụ ndị mụọ-ozi ka e zipụtara irugharị n'elu ebe ahụ. Ụfọdụ n'ime ndị n'eso ụzọ ya sọkwara ya jerue kalvarị n'iri-uju, na ikwa akwa dị-ilu. Ha chetara mgbe Jisọs gbara ịnyịnya na nmeri banye n'ime Jerusalem, mgbe ha n'eso ya n'azu, n'etikwa mkpu-ọñụ, Hosanna n'ebe kachasị elu n'atụsakwa uwe ha n'okpọrọ-ụzọ, ọbụna igu-nkwu ọma ndị ahụ. Ha chere na Ọ gaara ewere àlà-eze ma chịa ọchịchị nke ụwà nàlà izrel. Ma lee ka ọnọdụ sịrị tụgharịa! Lee ka ebum-nuche ha si kụa afọ n'àlà! Ha sogidere Jisọs; Ọ bụghịkwa n'anñuri ọñụ; Ọ bụghịkwa n'obi mmali-elu na olileanya nke obi-ụtọ; kama site n'obi nke e yiri-egwu na ida-mba ka ha ji nwayọ nwayọ, n'iru gbarụrụ-agbarụ n'eso ya bụ onye e meworo ihe ihere, wedakwa àlà, na onye nọ n'ọnụ ọnwụ.

Nne Jisọs nọkwa n'ebe ahụ. Obi ya tiwara n'iri-uju, nke naanị nne hụrụ nwa ya n'anya pụrụ inwe. Obi ya tiwara-etiwa nọgidekwara n'olileanya, ya na ndị n'eso ụzọ ya, na nwa ya g'eme otu oke ihe-iribama, inapụta onwe ya site n'aka ndị n'egbu ya. Ọ nagideghịkwa echiche nke ịsị na Jisọs g'arapụrụ ha onwe ya n'ime arụ-ụfụ ka ha kpọgide ya n'obe. Ma otu ọdị a kwadobere ihe niile werekwa Jisọs tụkwasi n'obe ahụ. E wetekwara hama na ntu. Obi ndị n'eso ụzọ ya tụbọrọ. Nne Jisọs nọkwa n'oke iri-uju n'enweghị nkasi obi, tụmadị mgbe ha gbatịrị Jisọs n'obe ahụ, ka ha kụgide ya ajụo ntu ndị ahụ n'aka osisi, ndị n'eso ụzọ ya kuuru nne Jisọs pụa n'ebe ahụ, ka ọ ghara ịnụ ụda ntu ndịa, ka a n'akụba ha n'ọkpụkpụ n'arụ ya nke aka na ụkwụ ya dị nro. Jisọs atamughị ntamu ọbụla kama Ọ sụrụ-ude n'arụ ụfụ. Iru ya magbọkwara amagbọ, ajirija gbara ọkpụrụkpụ-ọkpụrụkpụ jupụtakwara n'iru ya. Ekwensu nọkwa n'añụrị n'ihi nhụju-anya ahụ nke Ọkpara Chineke n'agabiga, ma nọrọkwa n'ụjọ n'ihi na àlà-eze ya e funarịwo ya, na ọ ghaghị inwụ.

Ha bulitere obe ahụ elu mgbe ha kpọgidesri Jisọs ntu na ya, ma were ike manye ya n'àlà ebe e gwuru ya, nka dọkasịrị anụ-arụ ya, kpatakwara ya oke arụ ụfụ. Ha mere ọnwụ ya ka ọbụrụ nke ihere karịsia. Ndị-ori abụa ka a kpọgidekọrọ ha na ya n'obe, otu onye n'akụkụ abụa Jisọs. Ndị-ori ahụ ka a dọkpụụrụ n'ike, ma n'ihi ekweghị ekwe ha na ulighịlị ha n'agba, e wee kee aka ha eriri n'azụ ma kpọgide ha ntu n'obe ha. Ma Jisọs nyere onwe ya site n'obi dị ume-àlà. O meghị ka onye ọbụla were ike dọlaa aka ya azụ n'obe ahụ. Mgbe ndị-ori ahụ n'akpo ndị n'egbu ha iyi, Jisọs n'ime arụ mgbu ya nọ n'ekpere ndị-iro ya ekpere

n'asị Nna, gbaghara ha, n'ihi na ha a mataghị ihe ha n'eme. Ọ bụghị naanị iri-uju nke anụ-arụ ka Jisọs nagidere, kam'ọbụna nmehie niile nke ụwà nọ n'ubu Ya.

Ka Jisọs kwụ n'elu-obe ahụ, ụfọdụ ndị n'agafe n'akụkụ ebe ahụ n'ekwe n'isi ha, dika ha n'erudatara eze, n'asikwa ya, Gị onye n'akwatu ụlọ nsọ na ewulikwa ya na mkpụrụ ụbọchị atọ, zọpụta onwe gị ọbụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke, si n'elu-obe rịdata. Ekwensu gwakwara Jisọs ụdị okwu ndịa na ọzara, ọbụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke. Ndị isi nchụ-àjà, na ndị-okenye na ndị ode-akwụkwọ jikwa ikwa-ya emo nasị, ọ zọpụtara ndị ọzọ, ma ọ pụghị izọpụta onwe ya. Ọbụrụ na ọ bụ eze izrel, ka o si n'elu-obe ahụ ugbua rịdata, anyị g'ekwekwa na ya. Ndị mụọ-ozi na erụgharị n'ogige ebe ahu a kpọgidere ya n'obe ka a kpalikwara iwe ha mgbe ndị-ọchịchị n'eme ya ihe-ọchị, n'asi, ọbụrụ na o bụ Ọkpara Chineke ka ọ zọpụta onwe ya. Ọ bụ ọchịchọ ha n'ebe ahụ ịbịa napụta Jisọs; kama e kweghị ka ha mee otua. Ebum n'obi nke ozi ya fọdụrụ ntakịrị ka e mejupụta ya. Ka Jisọs kwufere n'elu-obe ahụ n'oge awa niile nke arụ-ụfụ ya, o chefughịkwa nne ya. Nne ya a nọghịkwa n'ebe dị anya site n'ogige nke nhụju-anya ahụ. Ihe ozizi ikpeazụ nke Jisọs bụ nke sitere n'obi-ebere na ọdị-mma nke madụ. O legidere nne ya anya onye obi n'etiwa etiwa n'iri-uju, legịdekwa Jọn anya bụ onye n'eso ụzọ ya a hụrụ n'anya. O wee gwa nne ya, nwanyị lee nwa gị. O sikwara Jọn, lee nne gị ma sitekwa n'oge awa ahụ, Jọn kuuru nne ya laa nụlọ nke aka ya.

Akpịrị kpọrọ Jisọs nkụ n'ime arụ-mgbu kama ha tụkwasịrị ya nkparị n'elu nkparị, site n'inye ya manya gbara-ụka na ogịri ka ọ ñụa. Ndị mụọ-ozi elegịdewo anya na ọnọdụ ọjọọ nkpọgịde n'obe nke ezi-onye-ndu ha, rue mgbe ha n'apụghi ilegịdekwa ya ọzọ, wee kpuchie iru ha. Ọbụna anyanwụ jụrụ ichakwasi ogige ọjọọ ahụ. Jisọs tiri mkpu n'oke-olu, nke yiri-egwu n'obi ndị n'egbu ya, o gwụsiwo. Mgbe ahụ akwa-mgbochi nke ụlọ-nsọ gbawara site n'elu rue àlà, alà mara jijiji, oke nkume ha gbawakwara. Oke ọchịchịrị gbachikwara n'elu-àlà. Olileanya ikpeazu nke ndị n'eso ụzọ ya yiri dịka e hichapụrụ ya ehichapụ mgbe ahụ Jisọs nwụrụ. Ọtụtụ ndị n'eso ụzọ ya hụkwara ọnọdụ niile nke njhụju anya ya na ọnwụ ya, iko nke iri-uju ha jukwara eju.

Ekwensu a ñurighị ọñụ-nmeri dịka o mere na mbụ. O cheworị na ọ pụrụ imebi atụmatụ nke nzọpụta; kama a tụrụ ya n'ụzọ dị omimi nke ukuu. Ma ugbua site n'ọnwụ Jisọs, ọ matara na ọ ghaghị inwụ n'ikpeazu, na àlà-eze ya ka a g'anapụ ya nye Jisọs. O nwere ọgbakọ ya na ndị mụọ-ozi ya. Ọ dighị ihe o metara megide Ọkpara Chineke, ma ugbua ha aghaghị ilụsi ọlụ ike, ma sitekwa n'aghụghọ ha na ike megide ndị n'eso ụzọ Jisọs. Ha aghaghị igbochi ndị niile ha nwere ike ka ha rapụ inweta nzọpụta a zutaara ha site n'aka Jisọs. Site nime nka Ekwensu pụrụ inọgide ịlụ ọlụ ya megide ọchịchị nke Chineke. Ọ bụkwa na ọdịmma nke onwe ya ịnapụ Jisọs ndị niile o nwere ike. N'ihi na nmehie niile nke ndị a gbapụtara site n'obara Kraist nwekwara, nmeri, n'ikpeazu ka a ga kwaghachiri onye ahụ nmehie sitere n'aka ya, bụ Ekwensu, ya onwe ya ga eburukwa nmehie niile ha, mgbe ndị niile ọzọ na anaraghị nzọpụta site n'aka Jisọs g'eburu kwa nmehie nke ha onwe ha.

Ndụ Jisọs bụ nke okomoko ụwà n'adịghị nime ya, m'ọbụ nke igosi aku n'uba. Ndụ nke ịdị umeàlà, na ịjụ onwe ya bụ ihe dị iche nke ukuu n'ebe ndụ nke ndị nchụ-àjà na ndị okenye, bụ ndị hụrụ ịdị-mma na nsọ nke ụwà n'anya, ma nnọgidesike na ndụ dị nsọ nke Jisọs nọgidere ibụ ihe ima-ụta nye ha, banyere nmehie ha nille. Ha kpọrọ ya asị n'ihi obi umeàla, ịdị nsọ na ịdị ọcha ya.

Kama ndị ahụ kpọrọ ya asi ebe a, g'ahụ ya otu ụbọchị n'ịdị ukuu nke eluigwe, na n'ime oke ebube nke Nna ya. Ndị-iro gbara ya gburu gburu n'ụlọ-ikpe, bụ ndị n'achọ ighọ ya ọbara; kama ndị ahụ obi tara-miri bụ ndị ahụ tiri-mkpu sị, ka ọbara ya dị n'isi anyị na n'isi ụmụ anyị, g'ahụkwa ya dịka Eze e nyere ùgwù. Ụsụụ niile nke eluigwe g'eduru ya n'ụzọ ya na abụ nke nmeri, n'ike na oke-ebube, nye Onye ahụ e gburu, nke n'adị kwa ndụ ọzọ dịka onye-uku meriri emeri. Madụ dara ogbenye, n'adighị ike, ndụ ya jọgbukwara onwe ya bụrụ ọnụ-miri n'iru Eze nke ebube ahụ, ọbụna mgbe iti-mkpu ọñụ nke nmeri arụrụ-àlà ha n'arị elu n'ime nkparị ha niile. Ha metọrọ iru ahụ site n'iti ya ọkpọ na aruru-àlà nile dị iche-iche nke jupụtara eluigwe nile n'ihe itụ-n'anya. Ha g'ahụkwa iru ahụ ọzọ n'igbu marà-márá dịka ihè-anyanwụ nke etiti-ụbọchị, na ha ga achọkwa ịgbapụ n'iru Ya. Kama iti-mkpu ọñụ nke nmeri arụrụ-àlà ahụ, ha g'eji oke ụjọ kwaa akwa dị-ilu n'ihi ya. Jisọs g'egosi aka ya abụa na àpà ntu ndị ahụ e jiri kpọgide ya n'obe.

Àpà ihe-arụ ndịa e mere ya ka Ọ g'ebukwa mgbe niile. Ọnụkpata-ntu niile ọbụla gakọwapụta akụkọ nke mgbapụta dị-ebube nke madụ, na oke ọnụ-ahia nke eji zụta ya. Madụ ndị ahụ mara ube nagbịrị-akụkụ Onye ahụ nwe ndụ g'ahụ àpà ube n'arụ ya, ha ga akwakwa akwa n'obi-ntiwa banyere òkè ha lụrụ n'ibibi arụ ya. Ndị gburu ya were iwe nke ukuu n'ihi ihe ahụ e dekwasịrị n'elu-obe ahụ: EZE NKE NDỊ JUU. Kama mgbe ahụ ọ gabụ òkè ha ihụ ya n'uju nke ebube ya n'ikike nke ibu-eze ya. Ha ga ahụ n'ihe-oyiyi ya na ihe-okike nke ụkwụ ya, e biri na nkpụrụ okwu na adịgide adịgide: EZE NKE NDỊ EZE, na ONYENWE NKE NDỊ NWE NIILE. Ha tikuru ya nkpu akwam-emo, mgbe Ọ kwufere n'elu-obe, ka Kraist eze nke ndị izrel rịdata site n'elu-obe a, ka anyị hụ ma kwere kwa na ya. Ha g'ahụkwa ya mgbe ahụ n'ike n'oke-ebube nke Onye-eze. Ha a gaghịkwa achọ ihe-ngosi ọzọ iji mara na ọ bụ eze nke Izrel; kama n'ime oke ihe iju-anya mgbe ha matara ịdị-ukuu na oke ebube ya, ha g'abụ ndị a rụgidere ịnabata sị, Ngọzi n'adịrị onye ahụ nke n'abịa n'aha Onyenwe-anyị.

Àlà oma-jijiji, ntiwa nke oke-nkume dị iche-iche, ọchịchịrị nke gbachiri elu-ụwà niile, na oke iti-nkpu siri-ike nke Jisọs, ọ gwusiwo, ka O nyepụrụ ndụ ya, nyere ndị-iro ya nsogbu, ma meekwa ka ndị n'egbu ya tua egwu nke ukuu. Ndị n'eso ụzọ ya nwere ihe iju-anya n'ime ihe-ngosi ndịa niile pụrụ iche; kama olileanya ha niile lara n'iyi. Ha tụrụ egwu na ndị juu ga ebibikwa ha onwe ha. Ụdị ịkpọ asị ahụ ha gosipụtara nebe Ọkpara Chineke nọ ka ha chere na ọ gaghị akwụsị ebe ahụ. Ndị n'eso ụzọ ya nọrọ n'iri-uju n'oge awa ndịa n'ime onwe ha, ni'kwa akwa nihe nkpọchụ-iru ha. Ha chere na Ọ g'achị ọchịchị eze nke ụwà, kama olileanya ha nwụrụ anwụ mgbe Jisọs nwụrụ. Ha nwere obi-abụa n'ime iri-uju

na nkpọchụ-iru ha m'ọbụ na Jisọs eduhieghị ha. Iru nne ya kpuru n'àlà, ọbụna okwukwe ya na ọ bụ Mesai ahụ dakwara.

Kama n'agbanyeghị na ndị n'eso ụzọ ya e nwewo ri nkpọchụ-iru n'olileanya ha banyere Jisọs, ha hụkwara ya n'anaya, ma nyekwa arụ ya ùgwù na nsọ, kama ha a mataghị otu ha g'esi enweta ya. Josef nke Arimathea, onye-ndu nwere ùgwù na nsopụrụ, bụ onye a maara áhà ya, bụrụkwa otu n'ime ndị n'eso ụzọ Jisọs n'ezie. O jere na nzuzo, werekwa nkwụwa-okwu, jekuru Pailet ma rịọ ya arụ Jisọs. O pụghịkwa iwepụta onwe ya ihè n'ije a; n'ihi na anya-iro nke ndị Juu dị ukuu nke mere na ndị n'eso ụzọ ya tụrụ egwu na ha ga agbali igbochi arụ Jisọs inweta ebe izu ike nwere ùgwù. Kama Pailet nabatara arịrịọ ya, ma ka ha n'ebudata arụ Jisọs site n'elu-obe ahụ, iri-uju ha kpalikwara, ha wee kwa akwa n'obi-ilu banyere olileanya ha lara n'iyi. Ha kere Jisọs n'ime akwa-ọcha mara-mma, Josef wee tinye ya n'ime ili ọhụụ nke aka ya. Ndị inyom ndị bụworị ezi ndị n'eso ụzọ ya mgbe ọ n'adị ndụ nọgidekwara ya nso mgbe ọnwụ ya gasịrị, ha a rapụghịkwa ya rue mgbe ha hụrụ na e dotere arụ ya dị nsọ n'ime ili, nke e jiri nkume dị oke arọ wee bichie ọnụ-ụzọ ya, ka ndị iro ya ghara iburu arụ ya. Kama ọ dighị nkpa na ha tụrụ egwu nka; n'ihi na a hụrụ m ụsụụ ndị mụọ-ozi ka ha ji nmasị ọnụ n'apụghị ikọ n'echegide ebe izu-ike nke Jisọs. Ha chegidere ili ahụ nche, nọrọ kwa na njikere ime oke ha n'igbapụta Eze nke ebube site n'ụlọ nkpọrọ Ya.

Ndị gburu Kraist tụrụ egwu na ọ pụrụ ibilite n'ọnwụ ma gbanarị ha. Ha rịọrọ Pailet ka o tinye ndị nche g'echegide ili ahụ rue ụbọchị nke atọ. Pailet kwere nye ha ndị-agha ichegide ili ahụ, ma gbachiekwa ili ahụ na ọnụ-ụzọ ya, ka ndị n'eso ụzọ ya ghara izuru arụ ya n'ori, ma kwue na o biliwo na ọnwụ.

Isi Nkɛ IO—Nbilitɛ N'ọnwụ Nkɛ Kraist

Ndị n'eso ụzọ ya zuru ike n'ụbọchị-izuike, n'eri uju n'ihi ọnwụ nke onyenwe ha, mgbe Jisọs, Eze nke ebube, zukwara ike n'ili. Abali ejiriwo nwayọ gabiga, ma mgbe ọchịchịri ka dị n'isi-ututu, ndị mụọ-ozi na erụgharị gburu-gburu ili ahụ makwara na oge ịkpọpụta Ọkpara Chineke, Onye-isi ha, a biaruwo nso. Ma ka ha ji obi ọnụnụ ọkụ dị omimi na echere oge awa nke nmeri ya, otu mụọ-ozi nke dịkarị ike dịkwa ukuu fedatara n'otu ntabi-anya site n'eluigwe. Iru ya dịkwa ka ihe na enwụ enwụ, uwe ya dịkwa ọcha dịka sno. Ihè ya wakwasịrị ọchịchịri nke dị n'ụzọ ya, ma meekwa ka ndị mụọ-ọjọọ niile ahụ ndị n'akoro arụ Jisọs na nmeri ha, gbalagasia n'itu egwu n'ihi oke igbu marà-mara ya n'ebube. Otu nime ụsụụ ndị mụọ-ozi hụrụ nweda nàlà na nkparị niile a kparaịrị Jisọs, nke n'echegịdekwa ebe izuike ya dị nsọ, soro mụọ-ozi uku ahụ sitere n'eluigwe, ha wee biarue n'ili ahụ. Ala mara jijiji meekwa nkpọtu ka ha na abiaru nso, oke àlà-ọma jijiji wee dị. Mụọ-ozi ukuu ahụ dị-ike jidere nkume ahụ ma wepụkwa ya ngwa-ngwa site n'ọnụ-ili ahụ ma nọrọkwa ọdụ n'elu ya,

Oke ụjọ dakwasịrị ndị-che. Ole ebe ike ha dị ugbua ichebe arụ Jisọs? Ha e cheghikwa banyere ọlụ ha, m'ọbụ ndị n'eso ụzọ Jisọs izuru arụ ya n'ori. Ọ tụrụ ha n'anaya nke ukuu ma tinyekwa ha ụjọ n'aru, ka ihè ahụ nke sitere n'aru ndị mụọ-ozi wakwasịrị gburu-gburu ebe nile karịa ihe anyawu. Ndị-nche nke ndị Rom hụrụ ndị mụọ-ozi ahụ, wee daa dịka ndị nwụrụ-anwụ. Otu onye mụọ-ozi wepụrụ nkume ahụ n'ike nke nmeri, ma sitekwa n'oke-olu a nụrụ nke ọma tie mkpu sị Gị Ọkpara nke Chineke! Nna Gị n'akpọ Gị! Pụta! ọnwụ enweghịkwa ike n'aru ya ọzọ. Jisọs bilitere site n'ọnwụ. Mụọ-ozi nke ọzọ ahụ wee banye n'ime ili ahụ, ka ọ n'ebili na nmeri, o we tọpụ ya akwa niile e kere ya, Jisọs wee je ije pụta dịka onye meriri emeri. Site n'itu-egwu dị nro igwe ndị mụọ-ozi lekwasịrị ọnọdụa anya. Ọbụna mgbe Jisọs si n'ili n'azọpụta ụkwụ n'ịdị ukuu Ya, mụọ-ozi ndịa niile n'egbu marà-mara rudatara onwe ha nàlà wee fee ya ofufe; ma tookwa ya site n'abu nke nmeri, na ọnwụ apụghị ijidekwa Nwa nke Chineke ọzọ. Ekwensu e merighịkwa ugbua. Ndị mụọ-ozi nke ya a gbalagasiwori n'ihi oke ihè ahụ, nke chawara site na ndị mụọ-ozi nke eluigwe. Ha mere nkpesa dị ilu nye eze ha, n'asi na a punariwo ha onye ha ji n'ike, na onye ahụ nke ha kpọkwara asi e siwo n'ọnwụ bilie.

Ekwensu na ndị mụọ ozi ya a ñuriwo ọñụ nke nmeri na nwoge nta n'ihi na ike ha megide madụ nke dárá-ada e mewo ri ka onyenwe ndụ, bụrụ onye e liri nàlà-ili; kama ọñụ nke ajụọ nmeri ha dịrị mkpirimkpi. N'ihi na mgbe Jisọs pụtara site n'ụlọ nkpọrọ ya dịka onye eze meriri emeri, Ekwensu matara na mgbe nwa-oge gasịrị ya onwe ya aghaghị ịnwụ, na àlà-eze ya g'agafere onye ahụ o ziri ezi inwe ya. Ọ kwara arịrị n'oke iwe na n'agbanyeghị mgbalị ya niile na ike ya, Jisọs abụghị onye e meriri emeri, kama o mehewo ụzọ nke nzọpụta nke madụ, na onye ọbụla nke n'achọ, pụrụ ije-ije na ya ma nwe nzọpụta.

Na nwoge nta, Ekwensu nọdụrụ na nwụte n'egosikwa ida-mba. O wee nwee nzụkọ ya na ndị mụọ-ozi ya itu-ero ihe ha g'etinye aka na y-a ọzọ imegide ọchịchị nke Chineke. Ekwensu sịrị, unu aghaghị ime ngwa-ngwa jekuru ndị isi nchụ-àjà na ndị okenye. Anyị meriri n'iduhiè ha na imechi anya ha, na imesi obi ha ike megide Jisọs. Anyị mere ka ha kwenye na ọ bụ onye-nduhie. Ndị-agha Rom ahụ n'eche nche g'eburu akụkọ ọjọọ ahụ na kraist ebiliwo. Anyị duru ndị nchụ-àjà na ndị okenye ikpọ Jisọs asị na igbu ya. Ugbua aghaghị ime ka ọ pụta ihiè n'anya ha, na n'ihi na ọbụ ha gbụrụ ya, ọbụrụ na a mata nke ọma na Jisọs ebiliwo, ndị madụ ga atugbu ha na nkume, n'ihi na ha gburu onye aka ya dị ọcha.

Ka igwe ndị mụọ-ozi ahụ laghachiri n'eluigwe, ka ihè na ebube ahụ gabigakwara, a hụrụ m ndị nche Rom ahụ ka ha palitere onwe ha ịmata ma ọ g'adịrị ha mfe ilegharị anya gburu-gburu ha. O juru ha anya nke ukuu mgbe ha hụrụ na e bupuwo oke nkume ahụ site n'ọnụ ili, na Jisọs e biliwọkwa. Ha mere ngwa-ngwa jekuru ndị isi nchụ-àjà na ndị okenye ịkọrọ ha ihe-ebube ahụ nke ha hụrụ; ma mgbe ndị ogbu-madụ ahụ nụrụ akụkọ a dị ebube, iru ha manwụrụ-amanwụ. Oke ụjọ biakwasịrị ha n'ihi ihe ha meworo. Ha matara mgbe ahụ na ọbụrụ na akụkọ nka bụ ezie, na ha a bụwo ndị furu efu. Na nwa oge nta ha dara iberibe, ma lekọrite onwe ha anya, derekwa duu, n'amaghị ihe ọbụla ha ga eme m'ọbụ ikwu.

E dotere ha n'ọnọdụ ha n'apụghị ikwenye karịkwa naanị ima onwe ha ikpe. Ha pụrụ ezi ịgba izu nime onwe ha ihe ha g'eme. Ha kpebiri na ọbụrụ na a gbasara ya n'obodo ndị ọzọ na Jisọs ebiliwo, ọbuna akụkọ nke ihe oke ebube dị otua, nke mere ndị nche ida dịka ndị nwụru-anwụ, ga eru ndị madụ nti, a ghaghị ikpali ha oke iwe nke g'eme ka ha buso ha agha, ma gbue ha. Ha kpebiri izụrụ ndị-nche ahụ ka ha kpuchie okwu ahụ na nzụzo. Ha kwere ha ego buru ibu, n'asi ha, kwue nu na ndị n'eso ụzọ ya biara n'etiti abali wee zuru arụ ya mgbe anyị n'ararụ ụra. Ma mgbe ndị nche ahụ jụrụ banyere ihe a g'eme ha dịka ndị n'ararụ ụra noge ọlụ ha, ndị nchụ-àjà ahụ na ndị okenye kwuru na ha g'arụgide onye-ọchịchị ma zọpụtakwa ha n'aka ya. N'ihi ego ndị nche ahụ rere ùgwù ha ma kwenyekwa isoro ndụmọdụ nke ndị nchụ-àjà na ndị okenye.

Mgbe Jisọs nọ n'elu-obe, tipụ mkpu si, o gwuwo, nkume gbawara, àlà makwara jijiji ọbụna ụfọdụ àlà-ili kwahere; n'ihi na mgbe Jisọs biliri n'ọnwụ, ma merie ọnwụ na ili; mgbe Ọ pụtara site n'ụlọ-nkpọrọ ya dịka onye meriri emeri; ọbụna mgbe ụwà na akwa eneke, n'eme mkpọtụ, n'ebube niile na ịdị mma nke eluigwe jupụtara gburu-gburu ebe ahụ dị nsọ, na nrube-isi nye ọkpụkpọ ya, ọtụtụ ndị ezi-omume nwụru-anwụ pụtara dịka ndị àmà na o biliwori. Ndị ahụ uru a tụrụ, ndị nsọ sitere n'ọnwụ bilie pụtara n'ụdị dị-ebube. Ha dị ole na ole arọpụtara dị nsọ bụ ndị biworo ndụ n'ọgbọ niile sitekwa n'okike ụwà rue n'oge nke kraist. Ma ọbụna mgbe ndị nchụ-àjà na ndị farisii n'achọ ụzọ ikpuchi nbilite n'ọnwụ nke Kraist, Chineke họọrọ ikpọlite nzukọ site n'ili ha ịgba-àmà na Jisọs ebiliwo ri, na ikwupụta ebube ya.

Ndị ahụ e mere ka ha si n'ọnwụ bilie nwere ọdịdị arụ dị iche-iche. E mere ka m mara na ndị bi n'elu ụwà nọ na atalata atàlàta, na etufu ume na ima-mma ha. Ekwensu nwere ike nke ọrịa na ọnwụ, ma nọgbọ ọbụla, ọbụbụ-ọnụ a n'apụtakasi ihè, ike nke Ekwensu ka a na ahuzukwa na ya. Ụfọdụ ndị e mere ka ha bilie gbara dimkpa n'anya karịa ndị ọzọ. A gwara m na ndị biri ndụ n'oge Noa na Abraham bụ ndị karịrị n'inwe ọdịdị nke ndị mụọ-ozi, na ima mma na ịdị ike. Kama ọgbọ ọbụla n'atalata-atàlàta n'enwekwa ọrịa dị iche-iche, ndụ ha n'ebilatakwa nkpirimkpi. Ekwensu nọgịdere na amuta otu esi akpasu ndị madụ iwe, n'emekwa ka ndị niile n'ada mba.

Ndị nsọ ahụ ndị pụtara mgbe mbilite n'ọnwụ Jisọs gasịrị mekwara ka ọtụtụ madụ hụ ha, n'agwakwa ha na àjà a chụrụ n'isi madụ ezuwo oke, na Jisọs, onye ndị juu kpọgịdere n'obe e siwo na ndị nwụrụ-anwụ bilie, na ekwukwasikwa na, anyị onweanyị sokọrọ ya bilie. Ha nwere ọgbụgba-àmà na o bụ site n'ike ya dị ukuu ka a kpọlitere ha site n'ili ha. N'agbanyeghị àmà ụgha niile nke e kesara, okwu ahụ ka a n'enweghị ike ikpuchi-ekpuchi site n'aka Ekwensu, ndị mụọ-ozi ya m'ọbụ, ndị isi nchụ-àjà ; n'ihi na agbako ndị nsọ ahụ, a kpolitere site nili ha, gbasara ozi a dị ebube, dịkwa oke-ọnụ; ọbụna Jisọs gosikwara onwe ya nye ndị n'eso ụzọ ya na eri-uju, n'obi-ntiwa, n'ewezuga ụjọ ha, n'emekwa ha obi-ụtọ na añuri.

Ka ozi a n'agbasa site n'obodo rue n'obodo, ruekwa n'àlà ndị ọzọ dị iche-iche, ndị Juu n'onwe ha nwere ụjọ banyere ndụ nke ha, wee kwachie obi ikpọ-asi ha nwere n'ebe ndị n'eso ụzọ Kraist nọ. Olileanya ha dabeere naanị n'ịgbasa àmà-ụgha nke ha. Ma ndị chọkwara ka àmà -ụgha nka bụrụ ezi-okwu, kwenyekwara na ya. Pailet tụrụ egwu nke ukuu. O kwenyere n'ezi-àmà ahụ dị-ike e nyere, na Jisọs e siwo na ndị nwụrụ-anwụ bilie, na ọtụtụ ndị ọzọ ọ kpọliteworo, o nweghịkwa udo n'ime onwe ya ọzọ ebighị-ebi. N'ihi ùgwù nke elu-ụwà; n'ihi itụ-ụjọ ka ọ ghara itufu ikike-ọchịchị ya, na ndu ya, onyefere Jisọs ka ọ nwụa. E mewo ugbua ka o wee ya anya na ọ bụghị naanị madụ efu, aka ya dị-ọcha ka ikpe ọbara ya mara ya kama ọbara nke Ọkpara Chineke. Ndụ Pailet banyere ọnọdụ ọjọọ; ọbụna rue ogwụgwụ ya. Ida mba na obi-ntiwa kpagburu olile anya ya ọbụla, m'ọbụ obi-ụtọ ya ọbụla. Ọ jụrụ ịnara nkasi-obi, ma nwụakwa ọnwụ nke jọkarịrị njọ.

Obi nke Herọd n'onwe ya biara sie-ike karịa na ọbụna mgbe o nụrụ na Jisọs ebiliwo nọnwụ, o nyeghịkwa ya nsogbu nke ukuu. O wepụrụ ndụ Jems; mgbe ọ hụkwara na nka masịrị ndị juu, o wee jidekwa Pita, burukwa n'obi igbu ya. Kama Chineke nwere olu Pita g'alụ,wee ziga mụọ-ozi ya ịgbapụta ya. Ikpe nke Chineke letara Herọd. Chineke tigburu ya niru igwe madụ mgbe ọ na ebuli onwe ya elu n'iru ha, o wee nwụa-ọnwụ jọgburu onwe ya na njọ.

N'isi ụtụtụ uku mgbe ihè n'akadighị, ndị inyom ndịa dị nsọ biaruru ili ahụ, n'eweta ude ụtọ ha ite arụ Jisọs, ma lee! Ka ha hụrụ na e bupụwo ri nkume uku ahụ site n'ọnụ ili ahụ, ma arụ Jisọs anọghịkwa n'ebe ahụ. Obi wụnyere ha n'afọ, ha chekwara na ndị iro ha

e bupụwo arụ ya. Ma lee, ndị mụọ-ozi abụa na eyikwa uwe-nwụda ọcha ha na eguzo n'akụkụ ha; iru ha chapụrụ na enwụkwa enwụ. Ha matakwara ozi nke ndị inyom ndia dị nsọ, wee gwa ha otu mgbe ahụ na ha n'achọ Jisọs, kama na o nọghị n'ebe ahụ, na o siwọkwa nọnwụ bilie, na ha pụrụ ilekwa anya n'ebe o dinaworo. Ha gwara ha ka ha gaa gwa ndị n'eso ụzọ ya na o ga ebu ha ụzọ jerue na Galili. Ma ndị inyom ahụ tụrụ egwu nke ukuu. Ha wee gba ọsọ jekuru ndị n'eso ụzọ ya ndị nọ n'iri uju, n'apụghị inara nkasi-obi n'ihi na a kpọgidewo onye nwe ha n'obe; ha mere ngwa-ngwa n'ikọrọ ha ihe niile ha hụrụ ma nụkwa. Ndị n'eso ụzọ ya e kwenyeghịkwa na o siwo n'ọnwụ bilie, kama, ha sokọrọ ndị inyom ahụ wetara ozi ahụ, wee gbaa ọsọ rue n'ili, ma hụkwa n'ezie na Jisọs a nọghịkwa n'ebe ahụ.

Nebe ahụ ka akwa ọcha ya tọgbọrọ, kama ha e kwenyeghị ozi ọma ahụ na Jisọs e biliwo site na ndị nwụrụ-anwụ. Ha laghachiri ụlọ n'enwe oke itụ-n'anya nihe ndịa ha hụworo, na ozi ahụ nke ha nwetara site n'aka ndị inyom ahụ. Ma Meri nọgidere n'ogige ili ahụ, na eche ihe o hụworo,n'enwekwa ida mba nke echiche-obi na eleghị anya na e duhiewo ya. O chere na ọnwụnwa ọhụụ ndị ọzọ n'echerekwa ya. Iri-uju ya kpaliri ọhụụ ọzọ, o wee malite ikwa-akwa dị-ilu. O rudatara àlà ọzọ leba anya n'ime ili ahụ, ma hụ ndị mụọ-ozi abụa na eyikwa uwe ọcha. Iru ha n'enwụkwa ọcha. Otu onye na anọdụ àlà n'ebe akwa-isi, onye nke ọzọkwa n'ebe ụkwụ ya, dịka e nyụbere Jisọs. Ha ji nwayọ gwa ya okwu, ma jụakwa ya ihe ọ na akwara akwa. Ọ zaghachiri si, ha e bupuwo onye nwem, a mataghịkwa m ebe ha debere ya.

Ma dịka ọ tụgharịrị anya site n'ili ahụ, ọ hụrụ Jisọs ka Ọ n'eguzo n'akụkụ ya; kama ọ mataghị ya. Jisọs jiri olu dị nro kwusara Meri okwu, n'ajụ ya ihe kpatara iri-uju ya, wee jụakwa ya onye ọ n'achọ. Ma o chere na ọ bụ onye nlekọta nke ogige ahụ, wee rịọ ya, ọbụrụ na Ọ bupụwo onyenwe ya, ka ọ gwa ya ebe o dotere ya, na ọ g'eburukwa ya. Jisọs jiri olu ya nke eluigwe kwusara ya okwu, si, Meri. Ụda nke olu ihụnanya ahụ a diwo ri mbụ mara ya arụ, na ọ zaghachiri na ngwa-ngwa, Nna m uku! Ma sitekwa n'ọñụ na obi-ụtọ wee chọọ imakụ ya; kama Jisọs làrà azụ, wee si, e metukwala m aka, n'ihi na a karịgokrughi m Nna m; kama jekuru umunne m ma gwa ha, a na m arigokuru Nna m, na Nna unu, na Chineke m, na Chineke unu. Na ọñụ, o wee mee ngwa-ngwa were ozi ọma ahụ jekuru ndị n'eso ụzọ ya. Jisọs mere ngwa-ngwa rigokuru Nna ya inata site n'ọnụ Ya na o nabatawo àjà ahụ, na o mewọkwa ihe niile n'ụzọ dị mma, na inarakwa ike niile dị n'eluigwe, na n'elu ụwà, site n'aka Nna Ya.

Ndị mụọ-ozi dịka igwe-ojii gbara gburu-gburu Ọkpara Chịneke, wee mee ka ọnụ-ụzọ ebighị-ebi buru ihe e buliri-elu, ka Eze nke ebube bata. A hụrụ m na ọbụna mgbe Jisọs nọ n'etiti ihè ahụ, na ụsụụ ndị eluigwe, n'iru Nna ya na, mgbe ebube nke Chineke gbara ya gburu-gburu, o chefughịkwa ndị n'eso ụzọ ya n'elu ụwà; kama o narawo ike site n'aka Nna ya, ka o wee laghachikute ha, na mgbe o n'anọyere ha ka o wee nyefee ha ike. N'otu ụbọchị

ahụ ka Ọ latara, ma gosikwa onwe ya nye ndị n'eso ụzọ ya. O mere ka ha metu ya aka, n'ihi na o lakuruwo Nna ya, o natawọkwari ike.

Ma n'oge dịka nka, Tomas anọghị n'etiti ha. O jighịkwa obi dị umeàlà nara nkwupụta nke ndị n'eso ụzọ ibe ya; kama o kwesịrị olu ike, werekwa ntukwasi-obi nke onwe-onye kpebie na ya a gaghị e kwenye, m'ọbụghị ma ya g'etinye nkpịrị-aka ya n'oghere ntu ndị ahụ a kụrụ ya, ma tinyekwa aka n'akụkụ ya ebe ube-ọjọọ ahụ mapuru ya. Na nka o zipụtara e nweghị ntukwasi obi n'ebe umunne ya nọ. Ọbụrụkwa na madụ niile g'achọ ihe ngosi dị otua, naanị ole na ole g'anara Jisọs, ma kwerekwa na nbilite-n'ọnwụ ya. Kama ọ bụ ọchịchọ Chineke ka ozi nke ndị n'eso ụzọ ya gazue site n'otu onye rue na onye ọzọ, ma ọtụtụ natara ya site n'ọnụ ndị matara ma nụkwa. Ụdị ekweghị-ekwe nka adighị Chineke ezi mma. Ma mgbe Jisọs zutere ndị n'eso ụzọ Ya ọzọ, Tomas nọkwa n'etiti ha, n'out-oge ahụ mgbe ọ hụrụ Jisọs o kwenyere. Kama o kwupụtawo na ọ gaghị eju ya afọ ma ọ dighị ihe ngosi rutere ya aru tụkwasị na nke ya hụrụ anya, Jisọs nyekwara ya ihe ngosi dịka ọ chọro. Tomas tipụrụ mkpu, Onye-nwe m na Chineke m. Ma Jisọs tara Tomas ụta n'ihi ekweghị-ekwe ya. Ọ sịrị ya, Tomas n'ihi na ị hụwo m, ị kwrewọkwa; ngọzi n'adịrị ndị na ahụghị ma kwerekwa.

Otua, a hụrụ m, na ndị na amataghị banyere ozi nke mụọ-ozi nke mbụ na nke abụa a ghaghị inata ha site n'aka ndị matara, ma soroọkwa ozi ndị ahụ. Dịka a kpọgịdere Jisọs n'obe, otu a ka m hụkwara na a kpọgịdewo ozi ndịa n'obe. Ọzọkwa dịka ndị n'eso ụzọ ya kwupụtara na nzọpụta adighị n'áhà ọzọ n'okpuru eluigwe, e nyere n'etiti ụmụ madụ, n'otu aka ahụ kwa, ka ndị n'ejere Chineke ozi g'ekwesi ntụkwasị-obi n'atụghị egwu ọbụla kwupụta na ndị nabatara naanị otu akụkụ nke ezi-okwu niile nagidere n'ozi nke ato aghaghị iji obi-ụtọ nabata nke mbụ, nke abụa na ozi nke atọ dịka Chineke nyeworo ha, m'ọbụ ghara inwe òkè m'ọbụ ọnọdụ ọbụla n'ime okwu a.

E gosịrị m na ọbụna mgbe ndị inyom nsọ ndịa na ebu ozi ahụ na Jisọs e biliwo n'ọnwụ, ndị-nche agha nke ndị Rom nọkwa na agbasa ozi ụgha ahụ e tinyere n'ọnụ ha site n'aka ndị-isi nchụ-àjà na ndị okenye, n'asi na ndị n'eso ụzọ ya biara n'abali, mgbe ha n'ararụ ụra, wee zuru arụ Jisọs n'ori. Ekwensu e tinyewori okwu ụgha nka n'ime-obi na n'ọnụ ndị-isi nchụ-àjà, nke ndị madụ jikekwara ịnara okwu ha. Kama Chineke e mewo ri okwua ka o wee anya, ma tinyekwa ihe omume dị nkpa, nke ọ bụkwa n'elu ya ka nzipụta n'adabere, buru ihe karịrị isi-agụgọ ọbụla, bụrụkwa ihe n'agaghị ekwe omume ka ndị nchụ-aja na ndị okenye kpuchite ya. Ndị àmà ka e mekwara ka ha bilie site na ndị nwụru-anwụ ikwupụta nbilite n'ọnwụ nke Karaist.

Jisọs nọgidere ya na ndị n'eso ụzọ ya ọgụ ụbọchị abụa, nke kpatara ha ọñụ na obi-ụtọ, na ekpughekwara ha n'uju ya bụ ezi-okwu niile nke àlà-eze Chineke. O nyere ha ọlụ ịgbasa àmà nke ihe niile ha hụworo na nke ha nụwọkwara banyere nhuhu-anya ya, ọnwụ ya na nbilite n'ọnwụ ya; na o chụwokwa àjà n'ihi nmehie, ka ndị niile kwere, ga abiakute ya wee

nweta ndụ. Ọ gwahere ha ọnụ n'ụzọ dị nro na a g'esogbukwa ha meekwa ka ha daa-mba; kama na ha g'enweta nkasi-obi site n'ikpọrọ akọ-n'uche ha gaa n'ihe ndịa niile ha gabigaworo, na ichetakwa okwu niile nke ya gwaworo ha. Ọ gwara ha na ya emeriwo ọnwụnwa niile nke Ekwensu, ma nọgịdekwa na nmeri n'ime nkpagbu na ahụhụ niile, nke bụ na Ekwensu a gaghị enwekwa ike ọbụla ọzọ n'arụ Ya, kama n'ebe ha nọ ka ọ g'eburu ọnwụnwa ya niile na ike ya biakwasị ha, ọbụna megide ndị niile g'ekwere n'aha Ya.

Ọ gwara ha na ha pụrụ imeri, dịka ya onwe ya meriri. Jisọs gbajuru ndị n'eso ụzọ ya nike nke ime ihe iribama, Ọ gwakwara ha na ọ bụ ezie na ndị nmebi-iwu g'enwe ike n'aru ha, na ya g'ezitekwa ndị mụọ-ozi ya noge ụfọdụ ịgbapụta ha; na agaghị a napụ ha ndụ ha ruekwa mgbe ha luzuru ọlụ ha. Ma mgbe ha gbasịrị àmà ha, a g'eji ndụ ha kaa-akara n'elu àmà nke ha gbara. Ndị n'eso ụzọ ya nwere ọnụnụ-ọkụ n'obi jirikwa obi-ụtọ nụrụ ozizi Ya niile. Ha ji oke-nmasị n'eriju afo site n'okwu ọbụla nke dapụtara n'ọnụ Ya dị nsọ. Mgbe ahụ ha matara n'ezie na Ọ bụ ya bụ Onye-nzọpụta nke ụwà. Nkpụrụ okwu ọbụla mikpụrụ-emikpu n'ime-obi ha, ha rikwara uju n'ihi na a g'ekewapụ ha site n'aka Onye-ozizi ha sitere n'eluigwe a goziri-agozi; n'ihi na mgbe nwa-oge gasịrị, ha a gaghịkwa anụrụ okwu nkasi-obi ndịa, jupụtara n'amara nke sitere n'ọnụ Ya. Kama n'ụzọ ọzọ, a kpaliri obi ha n'ihụnanya na oke-ọñụ, mgbe Jisọs gwara ha na Ọ gaje idoziri ha ebe-obibi, na ibia-ọzọ inara ha, ka ha binyere ya mgbe niile. Ọ gwara ha na ya ga ezitere ha Onye nkasi-oibi ahụ, bụ Mụo-nsọ, iduzi, igozi na iduba ha n'ime ezi-okwu niile; O wee welie aka Ya abụa elu ma gọzie ha.

Isi Nke II—Ila N'eluigwe Nke Kraist

Eluigwe niile nọ n'eche oge-awa nke nmeri mgbe Jisọs g'arigokuru Nna ya. Ndị mụọ-ozi pụtara ịnabata Eze nke ebube, na iduru Ya na nmeri rue eluigwe. Mgbe Jisọs gọzisịrị ndị n'eso ụzọ ya, a napụrụ ya site n'etiti ha, wee welie ya elu. Ma dịka ọ n'edu ụzọ n'arigo elu, igwe madụ ahụ ndị Ọ dọkpụrụ bụ ndị ahụ e mere ka ha bilie n'oge nbilite n'ọnwụ ya sọkwa ya. Ụsụụ ndị eluigwe biakwara; mgbe ọtụtụ ndị mụọ-ozi n'apughị iguta ọnụ nọkwa n'eluigwe n'echerekwa mbata Ya. Ka ha n'arigo elu rue obodo nsọ ahụ, ndị mụọ-ozi ndị dugara Jisọs tipụrụ mkpu si Welie nu isi unu elu, unu ọnụ-ụzọ nile, ka e buliekwa unu elu, unu ọnụ-ụzọ nke ebigh-ebi nile, na Eze nke ebube g'abatakwa. N'otu nkume ndị mụọ-ozi nọ n'obodo ahụ, ndị n'echerekwa ọbịbịa Ya, tipụrụ mkpu n'oke-olu si, onye be Eze ebube nka? Ndị mụọ-ozi n'edu Ya na nmeri zaghachịrị si, ọ bụ Onyenwe-anyị dị ike dịkwa ukuu!

Onyenwe-anyị dị ike n'agha! Welienu isi unu elu, unu ọnụ-ụzọ niile! Weliekwa nu ha elu, unu ọnụ-ụzọ nke ebighị-ebi, ka Eze nke ebube bata. Ọzọkwa ụsụụ niile nke eluigwe tiri-mkpu sị, onye bu Eze nke ebubea? Ndị mụọ-ozi n'edu Ya jiri olu abụ-ụtọ wee zaa sị, ọ bụ Onyenwe-anyị nke ụsụụ niile! Ọ bụ ya bụ Eze nke ebube! Ma ahịrị-ugb nke eluigwe gafere banye n'ime obodo ahụ. Mgbe ahụ ụsụụ niile nke eluigwe gbakọrọ gburu-gburu Ọkpara Chineke bụ Onye-isi ha dị ukuu, ma sịtekwa na nkwanye ùgwù dị omimi wee rudata isi ha, n'atụsakwa okpu-eze ọma ha nụkwụ Ya. Mgbe ahụ ha wee kpatụ aka n'ụbọ akwara ọla edo ha, ma sitekwa n'olu abụ-ụtọ, ha mejupụtara eluigwe niile n'iba-uba nke ụda-abụ ha nye nwatụrụ ahụ e gburu nke n'adịkwa ndụ ọzọ n'ịdị ukuu na ebube.

Ọzọ, e gosịrị m ndị n'eso ụzọ ya ka ha sitere n'iri-uju legịde anya n'eluigwe ileta nke ikpeazụ bụ Onyenwe ha nke n'arigo n'eluigwe. Ndị mụọ-ozi abụa nke e gbọkwasịrị uwe-nwụda ọcha guzoro n'akụkụ ha, wee sị ha, Unu ndị-ikom nke Galili, gịnị mere unu guzoro n'ele anya n'eluigwe? Jisọs nka, onye a napụrụ unu laa n'eluigwe, g'abiakwa n'otu aka ahụ dịka unu hụrụ Ya ka Ọ n'ala n'eluigwe. Ndị n'eso ụzọ Ya na nne Jisọs, hụrụ mgbe Ọkpara Chineke n'arigo n'eluigwe, ha nọgidekwara abali ahụ ikparịta ụka banyere ọlụ ebube Ya dị iche-iche na ihe itụ n'anya ha dịkwa ebụbe ndị meworo na nwa oge nta ndịa.

Ekwensu kparitere ụka ya na ndị mụọ-ozi ya, ma site nịkpọ asị dị-ilu megide ọchịchị Chineke, ọ gwara ha na ọbụna mgbe ya n'enwe ikike nke elu ụwà, mgbali ha aghaghị ịdị ike okpukpu-iri megide ndị n'eso ụzọ Jisọs. Ọdighị ihe ọbụla ha metara Jisọs; kama ndị n'eso ụzọ ya ka ha n'aghaghị ikwatu m'ọbụrụ na o kwere mee, ma burukwa ọlụ a rue ọgbọ niile, imegide ndị niile g'ekwere na Jisọs, na nbilite n'ọnwụ Ya na nlaghachi n'eluigwe ya. Ekwensu mere ka ndị mụọ-ozi ya mara na Jisọs e nyewori ndị n'eso ụzọ ya ike ichụpu ha, ibara ha mba, na igwọ ndị niile ọ g'eti ihe-otiti. N'ihi nka ndị mụọ-ozi Ekwensu pụrụ n'ike dịka agụ nke n'agbọ ụja n'achọ ibibi ndị n'eso ụzọ Jisọs.

Isi Nke 12—Ndị N'eso Ụzọ Kraist

N'ike dị ukuu ndị n'eso ụzọ ya kwusara onye-nzọpụta ahụ a kpọgburu nke sikwa n'ọnwụ bilie. Ha gwọrọ ndị ọria, ọbụna onye nke daworo ngwọrọ mgbe niile ka e weghachiri na ọnọdụ zuru oke, wee sorokwa ha banye n'ime ụlọ nsọ, na eje ije na a wulikwa elu n'etọkwa Chineke n'iru ọha madụ nille. Akụkọ a gbasara, ndị madụ wee malite ịgbakọ gburu-gburu ndị n'eso ụzọ Jisọs. ọtụtụ gbakọrọ n'otu ebe, n'ihe iju-anya banyere ọgwụwọ ahụ nke a lụworo.

Mgbe Jisọs nwụrụ ndị isi nchụ-àjà chere na ọdighị ihe iribe-àmà ọzọ a g'ahụ n'etiti ha, na ọgbaghara niile g'anwụ, na ndị madụ g'alaghachikwa na omenàlà ha. Kama, lee! N'etiti ha kwa, ndị n'eso ụzọ ya n'alụkwa ọlụ-ebube, nke mere na ndị madụ jupụtara n'ihe-itunanaya, n'elekwa ha anya nke n'enweghị ọnụ okwu. A kpọgịdewori Jisọs n'elu obe, ma o juru ha anya ebe ndị n'eso ụzọ ya sitere nweta ike nka. Mgbe o n'adị ndụ ha chere na ọ n'enye ndị n'eso ụzọ ya ike; ma mgbe Jisọs nwụrụ, ha lere anya na ihe iribama ndị ahụ g'agwụsị. Pita matara iju-anya ha, wee sị ha, unu ndị-ikom nke Izrel, gịnị mere unu ji nwe ihe iju-anya na nka? M'ọbụ gịnị mere unu n'elegịde anyị anya otua, dịka a gasi na ọbụ n'ike m'ọbụ ịdị-nsọ nke onweanyị ka anyị mere nwoke a ka o jee ije? Chineke nke Abraham, na nke Azik, na nke Jekob, bụ Chineke nke Nna anyị ha nyere Ọkpara ya otuto bụ Jisọs, onye unu nyefeworo ma gọnarikwa ya n'iru Pailet, mgbe o kpebiri itọpụ ya. Kama unu gọnarịrị onye nsọ ahụ, na onye ezi-omume ahụ, ma họrọ ka a tọpụrụ unu onye ogbu madụ, wee gbuekwa Eze onyenwe ndụ, bụ onye Chineke meworo ka O si na ndị nwụrụ-anwụ bilie, nke anyị onwe-anyị bụkwa ndị àmà ya. Pita gwara ha na ọ bụ okwukwe e kwere na Jisọs kpatara ọgwụgọo a zuru-oke nye nwoke a dara ngwọrọ na mbụ.

Ndị isi nchụ-àjà na ndị okenye apụghị inagịde okwu ndịa. Ha jidere ndị n'eso ụzọ ya ma tinye ha n'ụlọ nkpọrọ. Kama ọtụtụ igwe madụ chegharịrị, ma kwerekwa na nbilite n'ọnwụ na nrigo n'eluigwe nke Kraist, site n'inụ naanị otu nkparite ụka n'ọnụ ndị n'eso ụzọ ya. Nka nyere ndị isi nchụ-àjà na ndị okenye nsogbu n'obi. Ha gburu Jisọs ka uche ndị madụ tụgharia n'ebe ha onwe ha nọ; kama okwu a adiwọkwa njọ ugbua karịa na mbụ. Ndị n'eso ụzọ Jisọs n'ebo ha ebubo na mbara na ọ bụ ha gburu Ọkpara nke Chineke, ma ha a pụghị imata ụsọtụ nke ihe ndịa, m'ọbụ ka ndị madụ g'esi ele ha anya.

Ọ g'adi ha ezi-mma igbusi ndị n'eso ụzọ Jisọs kama ha anwaghị ime nka n'ihi ha n'atụ ụjọ ka ndị madụ ghara itụ ha nkume. Ha kpọrọ ndị n'eso ụzọ ya, e wee kute ha n'iru ndị nzukọ. Ọbụna ndị ahụ ji ọnụ-ọkụ n'obi tisie mkpu ike ka a ghọọ onye Ezi omume ahụ ọbara nọkwa n'ebe ahụ. Ha a nụwọkwarị ngọnari nke Pita gọnarịrị Jisọs n'ụjọ, site n'ikpọ-iyi na idu-isi, mgbe a n'ebo ya ebubo na ọ bụ otu n'ime ndị n'eso ụzọ Jisọs. Ha chekubere ikwanye Pita ụjọ; kama Pita a buruwo onye chegharịrị echegharị ugbua. Ohere ka e nyere Pita ugbua ibuli Jisọs elu. Ọ gọnariwo ya na mbụ; kama ugbua ọ pụrụ iwezuga ntụpọ ahụ nke omume ụjọ na ngọnarị ya kpatara, ma nye áhà ahụ otuto bụ nke ọ gọnariworo.

Ọdighịkwa ụjọ nke adighị-ike n'achị achị n'ime ndụ Pita mgbe ahụ; kama site na nkwuwa-okwu dị nsọ, na ike nke Mụo-nsọ, o jiri anya-ike kwupụtara ha na Ọ bụ n'áhà Jisọs Kraist nke Nazaret, onye ha kpọgburu, onye Chineke kulitekwara site na ndị nwụrụ-anwụ, Ọ bụkwa site na ya ka nwoke nka n'eguzo n'iru unu n'izu oke. Nka bụ nkume ahụ nke unu ndị n'ewu ụlọ jụrụ, nke ghọkwara isi-nkuku ụlọ. Ọdighịkwa nzọpụta dị n'ebe ọzọ; n'ihi na ọdighị áhà ọzọ dị n'okpụrụ eluigwe e nyeworo n'etiti madụ, nke a g'esite na ya zọpụta anyị.

Ndị madụ ahụ nwere ihe iju-anya na oke nkwụwa-okwu nke Pita na Jọn. Ha hụtara ha dịka ndị ha na Jisọs nọworo; n'ihi na ịdị ukuu ha, na omume anya-ike ha ka a pụrụ iji tunyere nke Jisọs mgbe ndị gburu ya n'akpagbu Ya. Site n'otu ile anya nke nwụte na iri-uju, Jisọs baara Pita mba mgbe ọ gọnarisịrị ya, ma ugbua ka ọ n'ekwupụta onye-nwe ya, Pita natara ngọzi dịka onyinye nnọyere nke Jisọs, a gbajuru ya site n'ike nke Mụo-nsọ.

Ndị isi nchu-àjà a nwaghị anwa igosi ikpọ asị ha nwere n'ebe ndị n'eso ụzọ ya dị. Ha nyere ha iwu ka ha pụa n'otu akụkụ site n'ọgbakọ ahụ ha wee rurite ụka n'ime onwe ha, n'asi, gịnị ka anyị g'eme ndị ikom ndịa? N'ihi na n'ezie ihe iriba-àmà tụrụ n'anya ka ha meworo n'ụzọ pụtara ihe nye ndị nile bi na Jerusalem, nke anyị n'apụghịkwa ịgọnarị. Ha tụrụ ụjọ ikwe ka ọlụ-ọma nka gbasaa. Ọbụrụ na ọ g'agbasa, ike ha ga efunarị ha, a g'elekwa ha anya na ọ bụ ha gburu Jisọs. Naanị ihe ha jisịrị ike mee bụ ibara ha mba, na inye ha iwu ka ha ghara ikwusakwa n'áhà nke Jisọs m'ọbụghị otua na ha g'anwụ. Kama Pita ji anya-ike kwue sị na ha ga- ekwu naanị ihe ha hụworo ma nụkwa.

Site n'ike nke Jisọs ndị n'eso ụzọ ya nọgidere na agwọ onye ọbụla nwere ihe-otiti na ndị ọria niile e kuteere ha. Nka sogburu ndị-isi nchụ-àjà na ndị okenye, na ndị niile jikọtara aka na ha. Ọtụtụ madụ n'etinyekwa áhà ha n'anarakwa ọkọlọtọ nke onye-nzọpụta ahụ a kpọgburu, nke bilikwara ma laakwa n'eluigwe. Ha kpọchibidoro ndị-ozi ahụ n'ụlọ-nkpọrọ, na olileanya na aghara ndịa g'ebilata. Ekwensu ñụrịrị, ndị mụọ ọjọọ ya ñụkwara ọñụ nmeri; kama ndị mụọ-ozi nke Chineke ka e zipụrụ imeghe ụzọ ụlọ-mkpọrọ, ma, na imegide atụmatụ nke onye isi nchụ-àjà na ndị okenye, wee gwa ha ka ha banye n'ụlọ nsọ ma kwusaa okwu niile nke ndụa. Nzukọ ahụ gbakọrọ wee zipụ ozi ka a kpọta ndị-nkpọrọ ahụ. Ndị isi nke ụlọ-nkpọrọ ahụ meghere ọnụ-ụzọ niile nke ụlọ mkpọrọ ahụ; kama ndị mkpọrọ ahụ ha n'achọ a nọghịkwa n'ebe ahụ. Ha wee laghachikuru ndị nchụ-àjà na ndị okenye, wee gwa ha, na o bụ ezie na ha hụrụ ụlọ nkpọrọ ka a gbachiri ya nke oma, na ọbụna ndị nche ka ha nọkwa n'eche ọnụ-ụzọ ndịa nche, nke oma; kama mgbe anyị megheworo ụzọ ọdighịkwa onye ọbụla anyị hụrụ nime ya. Mgbe ahụ ka otu onye batara wee gwa ha, si, lee ndị ahụ unu tinyere n'ụlọ-nkpọrọ n'eguzokwa n'ụlọ-nsọ, n'ezikwa ndị madụ ihe. Mgbe ahụ ka onye-isi agha na ndị-ìsì jere, wee kuru ha bia n'udo; n'ihi na ha tụrụ egwu ndị madụ ka a ghara itu ha nkume. Ma mgbe ha kuuru ha bia, ha chere ha n'iru nzukọ ahụ; na onye-isi ndị nchụ-àjà jụrụ ha ajụjụ si, ọbụ anyị e nyeghị unu iwu ka unu ghara izi ihe n'áhà nka?

Ma lee, Jerusalem e jupụtawo n'ozizi unu, ma unu na achọkwa iweta ọbara nwoke a n'isi anyị.

Ha bụ ndị iru abụa, n'ahụkwa otuto madụ n'anya karị ihụ Chineke n'anya. Obi ha sikwara ike, na ọbụna olu ebube ukuu ahụ nke ndị-ozi lụrụ bụ naanị ikpasu ha iwe. Ha matara na ọbụrụ na ndị n'eso ụzọ ya n'ekwusa Jisọs, nkpọgbu a kpọgburu ya, nbilite n'ọnwụ ya na nlaghachi o laghachiri n'eluigwe, nka ga arụgịdesi omụma-ikpe ike narụ ha, ma kpọkwa ha ndị gburu ya. Ha adighịkwa na njikere ugbua ịnakwere ọbara Jisọs, dịka mgbe ahụ ha tisịrị mkpu-ike si; ka ọbara ya dị n'isi anyị, na n'isi ụmụ anyịkwa.

Ndị ozi ahụ ji nkwụwa-okwu kọwapụta na ha kwesịrị iña Chineke ntị karịa madụ. Pita sịrị, Chineke nke Nna anyị ha kpọlitere Jisọs, onye unu gburu ma kwụbakwa n'osisi. Ọ bụkwa Ya ka Chineke buliworo elu site n'aka nri ya ịbụ Onye-eze na Onye-nzọpụta, n'ilụ nchegharị nye Izrel, na ngbaghara nmehie niile. Ma anyị bụkwa ndị-àmà ihe ndịa niile, ọ bụkwa otu aka ahụ n'ebe Mụo-nsọ dị onye Chineke nyeworo ndị niile n'ege Ya ntị. Mgbe ahụ ka a kpasuru ndị ogbu-madụ ahụ iwe nke ukuu. Ha chọkwara itinye aka ha nọbara ọzọ site n'igbu ndị-ozi ahụ. Mgbe ha n'atu ụkpụrụ ime nka, ka e zipụrụ otu mụọ-ozi site n'ebe Chineke nọ biakuru Gamaliel, ikpali obi ya ka ọ dụa onye-isi nchụ-àjà na ndị-ọchịchị ọdụ. Gamaliel wee sị, rapụnụ ndị-ikom ndịa, ka ha laa; n'ihi na ọbụrụ na ndụmọdụ nka m'ọbụ ọlụ nka sitere n'aka madụ, ọ ghaghị ịda; kam'ọbụrụ na o sitere n'aka Chineke unu apụghị ikwatu ya, mọbụghị otua, ọ g'erukwa na ọ bụ Chineke ka unu n'alụso ọgụ. Ndị mụọ-ọjọọ n'akpalikwa ndị nchụ-àjà na ndị-okenye ibibi ndụ ndị-ozi ahụ kama Chineke zipụrụ mụọ-ozi ya igbochi ya, site n'iweli olu out-onye à márá áhà ya n'etiti ha ikwuchitere ọnụ ndị n'eso ụzọ ya.

Ọlụ nke ndị-ozi ahụ a kagwụghị. A g'akpọtakwa ha n'iru ndị-eze, ịgba-àmà áhà nke Jisọs, na ikwupụta ihe ndịa niile ha hụworo ma nụkwa. Kama tutu ndị isi nchụ-àjà na ndị okenye ndịa arapụ ha, ha tiri ha ihe ma nyekwa ha iwu ka ha ghara ikwu okwu ọzọ n'aha nke Jisọs. Ha rapụrụ nzukọ ahụ n'eto Chineke na a gụrụ ha dịka ndị tozuru-oke ihụ ahụhụ n'ihi áhà ya dị oke ọnụ-ahia. Ha gakwara n'iru n'ozi ha, n'ekwusakwa ozi ahụ n'ụlọ nsọ na n'ụlọ niile ebe a kpọrọ ha. Okwu Chineke wee n'eto eto n'amubakwa. Ekwensu a kpaliwọkwa ndị-isi nchụ-àjà na ndị okenye ịzụrụ ndị ọchị-agha nche ndị Rom n'ọlụ ịgba àmà-ụgha na ndị n'eso ụzọ ya zuru arụ Jisọs n'ohi mgbe ha n'ararụ ụra. Site n'okwu-ụgha nka ha lere anya ikpuchi ezi-okwu ahụ niile; ma lee, site nakụkụ niile gburu-gburu ha ka ọtụtụ ihe-ngosi ha dị ukuu nke nbilite n'ọnwụ Jisọs n'asọpụta. Ndị n'eso ụzọ ya ji anya-ike n'ekwusa ya, n'egosipụtakwa ihe niile nke ha hụrụ ma nụkwa, ma sitekwa n'aha Jisọs ha lụkwara ọlụ ihe-iribama ha dị ukuu. Ha tukwasịkwara ọbara Jisọs n'isi ndị jikere inara ya, mgbe e nyere ha ohere inwe ike megide Ọkpara Chineke.

A hụrụ m na arọpụtara ndị mụọ-ozi nke Chineke inwe ezi nlekụrụ-anya, na ichekwa ezi-okwu ndịa dị nsọ, dịkwa nkpa nke g'abụ ihe nkonye-aka nke ndị n'eso ụzọ Kraist n'ọgbọ niile.

Mụo-nsọ dakwasịrị ndị-ozi ahụ n'ụzọ pụrụ iche, bụ ndị n'agba àmà nkpọgide a kpọgidere Jisọs n'obe, mbilite n'ọnwụ na ilaghachi n'eluigwe ya — bụ eziokwu ha dị nkpa nke kwesịrị ibu olileanya nke Izrel. Madụ niile kwesịrị ilegide Onye-nzọpụta nke ụwà anya dịka olileanya naanị ha nwere, ma jeekwa ije nụzọ ahụ nke Jisọs mehere site n'àjà ahụ nke o ji ndụ ya chụọ, ma debekwa iwu Chineke wee dị ndụ. A hụrụ m amamihe na ịdị mma nke Jisọs n'inye ndị n'eso ụzọ ya ike ka ha buru otu ọlụ ahụ nke mere ndị juu jiri kpọ ya asị ma gbuekwa ya. Ha nwere ike e nyere ha megide ọlụ niile nke Ekwensu. Ha mere ihe-iribama na ihe itu-n'anya ha site n'aha Jisọs, onye e mere ihere, ma sitekwa n'aka ndị nmehie gbue ya. Ọkpụrụkpụ ihè na ebube gbara gburu-gburu n'oge ọnwụ na nbilite n'ọnwụ Jisọs nke mere ka ezi-okwu ndịa bụrụ ihe n'adịghị anwụ-anwụ, na Jisọs bụ onye-nzọpụta nke ụwà.

Isi Nke 13—Ọnwụ Nke Stiven

Ndị n'eso ụzọ ya mụbara nke ukuu na Jerusalem. Okwu Chineke gakwara n'iru, ọbụna ọtụtụ ndị nchụ-àjà rubere okwukwe a isi. Stiven, onye jupụtara n'okwkwe, lụrụ oke ọlụ-ebube dị ichde-iche na ọtụtụ ihe iribama n'etiti ndị madụ. ọtụtụ madụ were iwe; n'ihi na ndị nchụ-àjà n'echeghari site na omenàlà ha, na sitekwa na ọchụchụ-aja na onyinye ha dị iche-iche, ma n'anarakwa Jisọs dịka àjà ukuu ahụ. Stiven, site n'ike nke eluigwe, tara ndị nchụ-àjà na ndị okenye ụta, ma buliekwa Jisọs elu n'iru ha. Ha a pụghịkwa iguzogide amamihe na ike ahụ nke o ji ekwu okwu, ma mgbe ha hụrụ na ọdighi ihe ha pụrụ ime megide ya, ha zụrụ ndị g'agba àmà -ụgha megide ya na ha nụrụ mgbe ọ n'ekwulu megide Mosis ma megidekwa Chineke. Ha kpaliri ndị madụ, ma dọkpụrụkwa Stiven, ma, sitekwa n'ọnụ ndị àmà-ụgha, ha boro ya ebubo ikwugide ụlọ-nsọ na iwu. Ha gbara àmà na ha a nuwo ri mgbe ọ n'asị na Jisọs onye Nazaret g'emebi omenàlà ha nke Mosis nyere ha.

Ndị niile nọdụrụ àlà n'oche-ikpe megide Stiven hụrụ ihe nke ebube Chineke n'iru ya. Iru ya nwụpụrụ ihè dịka iru nke mụọ-ozi. O biliri ọtọ jupụtakwa n'okwukwe na Mụo-nsọ, ma, sitekwa `na ndị-amụma, ọ kowapụtara ha rue oge ọbịbịa Jisọs, ọnwụ nke obe Ya, nbilite n'ọnwụ na nlaghachi eluigwe ya, ma gosikwa ha na Onyenwe-anyị e bighị n'ụlọ e ji aka wue. Ha fere ụlọ nsọ ofufe. Ihe ọbụla e kwuru megide ụlọ nsọ ha n'agbajupụta ha n'iwe nke ukuu karị nke a sị na ekwugidere Chineke. Mụọ nke Stiven ka a kpasuru site n'iwe nke eluigwe mgbe o tiri nkpu megide ha n'ihi omume ọjọọ ha, na ebighị-ugwu nke obi ha. Unu n'emegide Mụo-nsọ mgbe niile. Ha n'edebe iwu niile nke omenàlà, mgbe obi ha jupụtara n'ọrụrụ, na ihe ọjọọ dị iche-iche. Stiven kpotụrụ uche ha ga na nmehie nke Nna ha n'ikpagbu ndị amụma, na asi ha, unu egbuwo ha bụ ndị gosiworo ihe banyere ọbịbịa nke Onye ezi-omume ahụ, nke unu onwe unu bụkwa ndị rara ya nye ma gbuekwa ya. Ndị isi nchụ-àjà na ndị ọchịchị ka a kpasuru iwe, mgbe e kwupụtara ezi-okwu ahụ n'ụzọ pụtara ihè; ma ha gbara ọsọ dakwasị Stiven. Ihè nke eluigwe wakwasịrị ya, ma dịka o weliri anya ya elu lekwasi eluigwe, e nyere ya ọhụụ nke ebube Chineke, ka ndị mụọ-ozi na erụghari kwa gburu-gburu ya. O wee tie-mkpu n'oke-olu sị, lee, a nam'ahụ ka e mehere eluigwe na nwa nke madụ na eguzokwa n'aka nri nke Chineke. Ndị ahụ a chọghị inụ ihe o n'ekwu. Ha tipụrụ mkpu n'oke-olu, mechikwa nti ha, ma gbakuru ya n'otu, wee tụpụ ya n'azu obodo ma tụa ya nkume. Stiven wee gbue ikpèrè n'àlà, tie mkpu n'oke-olu sị, Onyenwe-anyị, atụkwasịla nmehie nka n'isi ha.

A hụrụ m na Stiven bụụrụ onye dị ike nke Chineke, nke a kpọlitere n'ụzọ pụrụ iche imejupụta ọnọdụ dị mkpa n'ime nzuko. Ekensu ñụrụ ọñụ nmeri mgbe a tugburu ya na nkume; n'ihi na ọ matara na ndị n'eso ụzọ Jisọs g'eri uju nke ukuu na nfu dị otua. Ma ọñụ nmeri nke Ekwensu dịịrị mkpirimkpi; n'ihi na otu onye n'eguzo nọgbakọ ahụ, nke n'elegide ọnwụ Stiven, onye Jisọs g'ekpuhere onwe Ya. Ọbu ezie na o tinyeghị aka n'itụ Stiven nkume, kama o kwenyere n'ọnwụ ya. Sọl nwere ọnụ-oku n'obi n'ikpagbu nzukọ

Chineke, n'achụ ha, n'ejidekwa ha n'ụlọ ha dị iche-iche, n'enyefekwa ha na ndị g'egbu ha. Ekwensu jiri Sọl n'alu ọlụ pụtara ihè. Kama Chineke pụrụ ibibi ike Ekwensu, ma tọpụkwa ndị niile Ekwensu dubara n'agbu. Sọl nwere ezi nmụta, ma Ekwensu ji nmeri n'etinye amamihe ya niile n'ọlụ iji nye aka na omume nke nnupu-isi ya megide Ọkpara Chineke, na ndị niile kwere na ya. Kama Jisọs họọrọ Sọl dịka ụgbọ eji ekwusa áhà Ya, iji gbaa ndị n'eso ụzọ Ya ume nọlụ ha, na karịkwa idochi ọnọdụ Stiven. Sọl bụ onye dị ukuu n'anya ndị Juu. Ọnụ-ọkụ nke obi ya na nmuta ya dị ha mma, ma bụrụkwa ihe egwu nye ndị n'eso ụzọ ya.

Isi Nkɛ 14—Mgbanwɛ Nkɛ Sọl

Ka Sọl n'eje Damaskọs n'ejidekwa akwụkwọ nyere ya ikike ijide ndị nwoke m'ọbụ ndị nwanyị n'ekwujsa Jisọs, ma dọkpụta ha Jerusalem, ndị mụọ-ọjọọ ji ọñụ-nmeri n'agba ya gburu-gburu. Ma ka ọ n'eje, n'otu ntabi-anya ihè sitere n'eluigwe nwụe gburu-gburu ya, nke mere ka ndị mụọ-ọjọọ ndịa gbafusia, ma meekwa ka Sol daa-nàlà ngwa-ngwa. Ọ nụrụ olu nke n'asi, Sọl, Sọl, gịnị mere i ji wee n'akpagbu m? Sol jụrụ sị, I bụ onye, Onye nwem? Ma Onyenwe-anyị sịrị, Mụ onwe m bụ Jisọs onye gị onwe gị n'akpagbu. Ọ bụkwa ihe sịrị ike ka ikpọ ụkwụ gị na nkume. Mgbe ahụ Sọl mara jiji ma sitekwa n'oke ụjọ wee sị, Onyenwe m, ọbụ gịnị ka I chọrọ ka m mee? Onyenwe-anyị sịrị ya, bilie ma jee n'ime obodo, a gagwakwa gị ihe n'ịghaghị ime.

Ndị-ikom n'eso ya nọkwa n'ekwughị okwu ọbụla. Naanị na ha n'anụ olu, ma ha a hụghị onye ọbụla. Mgbe ihe ahụ gabigara, na Sol bilitere ọtọ, wee meghee anya ya abụa, kama ọ hụghịkwa madụ ọbụla. Ebube sitere na ihè nke eluigwe e mewo ka o kpue-isi. Ha wee jide ya n'aka, duru ya rue Damaskọs, ebe ọ nọrọ abali-ato n'ahụghị ụzọ, n'erighịkwa ihe oriri m'ọbụ ihe-ọñụñụ. Onyenwe-anyị wee ziga mụọ-ozi ya nye otu n'ime ndị ahụ Sọl bu n'obi ịdọkpụrụ, wee kpanyere ya ụka na ọhụụ ka o jee n'otu ụzọ-àmà a n'akpọ Streti, ma jụa ajụjụ n'ime ụlọ nke Judas banyere otu-onye a n'akpọ Sọl nke Tasiọs, n'ihi na lee, ọ n'ekpekwa ekpere, na o hụwọkwa na ọhụụ otu nwoke áhà ya bụ Ananias ka ọ n'abata, nke n'atụkwasikwa ya aka, ka o wee hụ ụzọ.

Ananais tụrụ egwu na eleghị anya na okwua ezighị ezi, o wee malite ikwusara Onyenwe-anyị ihe ọ nụworo banyere Sọl. Ma Onyenwe-anyị gwara Ananais, jee n'ụzọ gị; n'ihi na ọ bụ ụgbọ nke a rọpụtara nye m, iburu áhà m rue ndị Jentail, na ndị-eze, na ụmụ IZrel kwa. N'ihi na a ga m egosi ya ọtụtụ ahụhụ nke n'ọghaghị ihụ n'ihi áhà m. Ananais wee soro ntuzi aka niile nke Onyenwe-anyị, wee banye n'ụlọ ahụ, n'atukwasikwa ya aka n'isi ya, wee si, Nwannem-nwoke Sọl, Onyenwe-anyị, ọbụna Jisọs, onye zutere gị n'ụzọ ka I n'abia, e zitewo m, ka iwe hụ ụzọ, bụrụkwa onye e mejupụtara na Mụo-nsọ.

N'otu-oge ahụ Sọl hụrụ ụzọ, ma biliekwa, e wee meekwa ya baptizim. O wee kwusaa Kraist n'ime ụlọ ikwu niile, na ọ bụ Ọkpara Chineke. Ndị niile nụrụ ya tụrụ egwu nke ukuu; na- ajụkwa sị, Nka ọ bụghị onye ahụ nke n'ebibi ndị niile n'ekwusa áhà ahụ na Jerusalem? Ma biakwa ebe a n'out-uche ahụ, bụ ijide ha kpugara ha ndị-isi nchụ-àjà . Ma Sọl bara ụba na ike werekwa anya-ike, n'agwa ndị Juu okwu. Ndị a banyere na nsogbu ọzọ. Sọl kọpụtara ije ya niile site n'ike nke Mụo-nsọ. O were onye ọbụla anya banyere ọnọdụ Sọl megide Jisọs, na ọnụ ọkụ nke obi ya ichọpụta na, inyefe ha n'aka ọnwụ bụ ndị niile kwere na áhà ya. Ọlụ-ebube nke mgbanwe ya mere ka o wee ọtụtụ madụ anya na Jisọs bụ Ọkpara nke Chineke. Sọl kọwapụtara ije ya, na dịka ọ naara akpagbu ndị madụ rue ọnwụ, na etinyekwa n'ụlọ nkpọrọ, ndị nwoke na ndị nwanyị ka ọ n'eje Damaskọs, n'otu ntabi anya ihè dị oke-egwu nke sitere n'eluigwe nwuru gburu-gburu ya, nke Jisọs gosikwara ya onwe ya, ma

zikwa ya ihe na ya bụ Ọkpara Chineke ahụ. Ka Sọl ji olu-ike na ekwusa Jisọs, ọ bụkwa nhụku sịrị ike n'onwe ya. O nwere ezi amamihe nke akwụkwọ-nsọ, ma mgbe o chegharisịrị ihe nke Chineke wapụtara n'okwu amụma niile banyere Jisọs, nke nyere ya ike ikwupụta ezi-okwu ahụ n'ụzọ were anya, na idozi okwu Chineke arọgharịrị n'ụzọ ọbụla. Site na nnọyere nke Mụo-nsọ, ọ g'eji ụzọ were anya na ike kpọrọ akọ n'uche ndị n'ege ya ntị site kwa n'olu nke amụma niile biarue n'oge ọbịbịa nke mbụ nke Kraist, wee gosikwa ha n'akwụkwọ-nsọ e mezuwori, nke metutara nhụju-anya nke Kraist, ọnwụ na nbilite n'ọnwụ ya.

Isi Nke 15—Ndị Juu Kpebiri Igbu Pọl

NDị isi nchụ-àjà na ndị n'achi achi jupụtara n'ịkpọ-asi megide Pọl, ka ha hụrụ nhụku nke amamihe ya. Ha hụrụ na o ji anya-ike n'ekwusa Jisọs, n'emekwa ihe-iribama dị iche-iche n'aha ya, na ọtụtụ igwe madụ n'añakwa ya ntị, n'echegharikwa site na ndụ nke omen'àlà ha, ma n'elekwa ha anya dịka ndị ahụ gburu Jisọs Ọkpara Chineke. A kpasuru ha iwe, ha gbakọkwara itụpụta atụmatụ ihe kwesịrị ka e mee iji menyụa ọgbaghara ahụ. Ha kwekọritere na ụzọ kachasị udo ime nka bụ iwepụ ndụ Pọl. Ma Chineke matara ebum n'obi ha, O wee zipụ ndị mụọ-ozi ichegịde ya, ka o wee dị ndụ luzue ọlụ ya, ma takwa ahụhụ n'ihi áhà Jisọs.

E mere ka Pọl mara na ndị Juu na achọ ndụ ya. Ekwensu duru ndị Juu n'ekweghị-ekwe ichegịde ọnụ ụzọ-àmà niile nke Damaskos ehihe na abali, ka ọ g'abụ na mgbe Pọl n'agabiga ọnụ-ụzọ àmà ndị ahụ; ha ga egbukwa ya n'otu mgbe ahụ. Ma ndị n'eso ụzọ ya n'ime abali, tinyere ya n'ime ekete ma tụda ya site n'azụ-mgbịdị. N'ebea ihere mere ndị Juu n'ọdịda ha, ebum n'obi nke Ekwensu ka e merikwara. Ma Pọl jere na Jerusalem ijikọta onwe ya na ndị n'eso ụzọ Kraist; kama ụjọ dị ha n'ebe ọ nọ. Ha e kwenyeghịkwa na Ọ bụrụwo onye n'eso ụzọ Kraist. Ndụ ya ka ndị Juu chụworo na Damaskọs m'ọbụna ụmụnna nke aka ya a nabataghịkwa ya, kama Banabas kpọtaara ya ndị-ozi, ma kọpụtara ha otu o si hụ Onyenwe-anyị n'etiti ụzọ na o kwusawo kwa áhà Jisọs na Damaskọs.

Kama Ekwensu n'akpali ndị Juu ịla ndụ Pọl n'iyi, ma Jisọs dụrụ ya ọdụ ka ọ rapụ Jerusalem. Ma mgbe o jere obodo ndị ọzọ ikwusa áhà Jisọs , n'emekwa ihe-iribama dị iche-iche, ọtụtụ madụ chegharị-kwara, ma mgbe a gwọrọ otu nwoke bụ onye daworo ngwọrọ mgbe niile, ọtụtụ igwe madụ ndị n'efe arụsi pụtara ịchụrụ ndị n'eso ụzọ Kraist àjà. Pọl were iwe, ma gwakwa ha na ha onwe ha bụkwa madụ ibe ha, na ọ bụkwa naanị Chineke onye keworo eluigwe n'ụwà na oke osimiri, na ihe niile dị ya n'ime ka ha g'efe. Pọl buliri Chineke elu n'iru ha; kama ha e kwenyeghị ka o gbochie ha. Mgbe ahụ bụ nke mbu ha n'anụ banyere inwe okwukwe na ezi-Chineke nke okike, ọbụna ife Ya ofufe na nsọ nke ruru Ya, ka a n'etinye n'uche ha ma mgbe ha na aña Pọl ntị, Ekwensu na arụgịdekwa ndị Juu n'ekweghị-ekwe nọ nàlà ndị ọzọ isogbu Pọl na ilalu ọlụ-ọma niile a lụrụ site n'aka ya. Ndị Juu kpaliri ọgbaghara, ma mụnyekwa ọkụ n'echiche ndị ahụ n'ekpere arụsi site n'ịgba àmà -ụgha megide Pọl. Ugbua anya-ọma ahụ na obi-oma ndị madụ ghọrọ ikpọ asị, na ndị ahụ jikeworo ife ndị n'eso ụzọ Kraist ofufe nwa-oge nta gara-aga, tụrụ Pọl nkume, ma kpụrụ ya pụa n'azu obodo, n'eche na ọ nwụwo. Ma dịka ndị n'eso ụzọ Kraist n'eguzogịde Pọl, n'erikwa uju n'ihi ya, ha ñurịkwara ọñụ mgbe o biliri, ma sorọkwa ha banye n'ime obodo.

Ka Pọl n'ekwusa Jisọs, otu nwanyị nke nwere mụọ n'agba afa, wee soro ha, n'eti mkpu, ndị ikom ndịa bụ ndị-oru nke Chineke onye kachasị ihe niile elu, nke n'ezikwa anyị ụzọ nzọpụta. Otua ka o sogịdekwara ndị n'eso ụzọ ya ọtụtụ ụbọchị. Kama nka gburu Pọl

mgbu n'obi; n'ihi na iti mkpu nke nwanyị a n'ewepụ akọ-n'uche ndị madụ site nezi-okwu ahụ. Ebu m n'obi Ekwensu na-iduru nwanyị a ime nka bụ itinye ida-mba n'obi ndị madụ, na ime ka ọlụ ndị-ozi ahụ ghara inwe nhụku ọbụla. Ma nka kpaliri mụọ nke Pọl, o wee tụgharịa n'ebe nwanyị ahụ nọ, wee sị mụọ ahụ n'adịghị ọcha, a na m enye gị iwu n'aha Jisọs Kraist ka ị si n'ime ya pụta, ma mụọ ahụ n'adịghị ọcha natara ịba-mba ahụ, wee rapụ ya.

O masịrị ndị nwe ya na o n'eti mkpu n'eso kwa ndị n'eso ụzọ Krasit n'azu; ma mgbe mụọ-ọjọọ ahụ rapụrụ ya, ka ha hụkwara ya dịka onye n'eso ụzọ Kraist nke dịkwa ume-àlà n'obi, ha were iwe nke ukuu. Ha a kpakọwori ọtụtụ ego site n'ịgba afa ya, ma ugbua olileanya nke uru ha n'erite a gabigawo. E meriwọkwa ebum n'obi Ekwensu; kama ndị oru ya jidere Pọl na Sailas, dọkpụrụ ha rue na ọgbọ-ahia, ruekwa n'iru ndị n'achi achi, na ndị ọk'ikpe, n'asị, ndị-ikom ndị Juu ndịa n'esogbukwa obodo anyị nke ukuu. Mgbe ahụ igwe madụ ahụ biliri megide ha, ndị ọk'ikpe dọwakwara uwe ha, wee nye iwu ka e tie ha ihe. Ma mgbe apiasịrị ha ọtụtụ ihe, ha tinyere ha n'ụlọ nkpọrọ, n'enyekwa onye-isi ụlọ nkpọrọ iwu, ka o chebe ha nke-ọma, onye ahụ, mgbe ọ natara iwu dị otua, o tinyere ha n'uso ụlọ nkpọrọ ma gbachiekwa ụkwụ ha abụa n'igodo. Ma ndị mụọ-ozi Chineke sokwara ha n'ime ụlọ-nkpọrọ ahụ. Nkpọrọ a tụrụ ha bụ n'otuto nke Chineke gosikwa ndị madụ na Chineke nọkwa n'ime ọlụ ahụ, n'anonyekwara ndị-oru ya Ọ rọputaworo, na mgbịdị ụlọ nkpọrọ pụrụ ima jijiji, na ọbụna okporo-igwe ha dị ike ka ya onwe ya pụrụ imeghe.

N'etiti abali Pọl na Sailas kpere ekpere bụakwa abụ-otuto nye Chineke, ma n'otu ntabi anya àlà-ọma jijiji dị ukuu mara, nke mere ka ntọàlà ụlọ nkpọrọ ahụ kwaa eneke; a hụkwara m na mụọ-ozi nke Chineke tọghepụrụ agbụ madụ nile n'out-oge ahụ. Onye nche ụlọ nkpọrọ biliri ma tụa-egwu nke ukuu mgbe o hụrụ na ọnụ-ụzọ niile nke ụlọ nkpọrọ ghere oghe. O chere na ndị nkpọrọ niile a gbapusiwori, nke bụ na a ghaghị ịta ya ahụhụ nke ọnwụ. Ma mgbe ọ chọro igbu onwe ya, Pọl tiri-mkpu n'oke-olu, sị, Emerukwala onwe gị arụ ọbụla, n'ihi na anyị niile nọ n'ebea. Ike nke Chineke bara n'obi onye nche ụlọ-nkpọrọ ahụ. O wee kpọọ-oku ka ewetara ya ọkụ, o wee gbaba n'ime, n'atụ egwu, o wee daa n'àlà n'iru Pọl na Sailas, wee kpọpụta ha, n'asi, ndị nwe m, gịnị ka m n'aghaghị ime ka e wee zọpụtam? Ha wee sị ya, kwere na Onyenwe-anyị Jisọs Kraist, a ga azọpụtakwa gị onwe gị na ezi-n'ụlọ gị. Onye-isi ụlọ-nkpọrọ ahụ wee kpọkọta ezi-n'ụlọ ya niile, Pọl we kwusara ha Jisọs. Obi onye-isi ụlọ-nkpọrọ ahụ ka e jikọtara na nke ụmụnna ndịa, o wee sachaa ọnya nke ihe e tiri ha, e wee meekwa ya, na ezi-n'ụlọ ya niile baptizim n'abalị ahụ. O wee weta ihe-oriri che n'iru ha, ma ñurikwa ọñụ, na ekwerekwa na Chineke ya na ezi-n'ụlọ ya niile.

Ozi a dị-ebube gbasara ebe niile bụ ike ọlụ-ebube nke Chineke nke pụtaworo ihè site n'imeghe ọnụ-ụzọ ụlọ-nkpọrọ niile ndịa, na ncheghari na baptizim nke onye-isi ụlọ-nkpọrọ na ezi n'ụlọ ya. Ndị n'achi achi nụrụ ihe ndịa, wee tụa-egwu, ma zigakwara onye-isi ụlọ-nkpọrọ ahụ ozi, ka o rapụ Pọl na Sailas ka ha laa. Kama Pọl jụrụ irapụ ụlọ-nkpọrọ ahụ n'ụzọ nzụzọ. O wee sị ha, ha tiri anyị ihe n'iru ọha madụ n'amaghị kwa anyị ikpe ọbụla,

ebe anyị bụkwa ndị Rom, ha tinyekwara anyị n'ụlọ nkpọrọ; ma ugbua ha n'ezipụ anyị na nzuzo? N'ezie, a gaghị eme ya otua mọlị; kama ha onwe ha g'abịakwa, ma kpọpụta anyị. Pọl na Sailas achọghị ka ọlụ-ebube nke Chineke pụtara ihè otua bụrụ ihe e kpuchiri ekpuchi. Ndị ozi kọwara ihe ndịa nye ndị ok'ikpe ahụ; ha wee tụa egwu mgbe ha nụrụ na ha bụ ndị Rom. Ha wee bia riọ ha kpọpụtakwa ha, ma riọkwa ha ka ha si n'obodo ha pụa.

Isi Nke 16—Pọl Jere Leta Jerusalem

N‘oge n’eteghị anya mgbe Pọl chegharịsịrị, o jeruru Jerusalem, wee kwusaa Jisọs, na ebube nke amara Ya. Ọ kọrọ akụkọ ihe-iribama nke nchegharị ya, nke kpasuru ndị nchụ-àjà , na ndị-isi iwe, ha wee chọo iwepụ ndụ ya. Ma ka ndụ ya bụrụ ihe a zọpụtara, Jisọs biakutere ya ọzọ na ọhụụ mgbe ọ n’ekpe ekpere, n’asị ya, mee ngwa-ngwa pụa na Jerusalem; n’ihi na ha agaghị anabata àmà gị banyere m. Pọl riọsiri Jisọs arịrịọ ike, n’asi, Onyenwem, ha matara na a tụrụ m ha mkpọrọ tiekwa ha ihe n’ụlọ ikwu niile bụ ndị niile kweworo na gị ọbụna mgbe a wụsịrị ọbara oru gị Stiven, e guzogịdekwaram ha n’akụkụ na nkwenye n’ọnwụ ya, n’ejidekwa uwe ndị gburu ya. Pọl chere na ndị Juu nke Jerusalem agaghị emegide ọgbụgba-àmà ya; na ha g’echeta na mgbanwe ukuu nka dị n’ime ya bụ naanị ike nke Chineke pụrụ ịlụpụta. Kama Jisọs sịrị ya, Pụa, n’ihi na m g’eziga gị ebe dị anya n’àlà ndị mba-ọzọ.

Mgbe Pọl n’anọghịkwa na Jerusalem ka o dere ọtụtụ akwụkwọ ozi nye ebe dị iche-iche, n’akọwa ihe ọ hụworo, n’agbakwa àmà sịrị ike; kama ụfọdụ madụ gbalịrị ibibi nhụku nke akwụkwọ-ozi ndịa. Ha kwenyere na akwụkwọ ozi ya ha rijuru afo ma dịkwa ike; kama na mbinyere onwe ya na anụ-arụ n’etiti ha adịghị ike, ọbụna okwu-ọnụ ya ka a n’akpọkwa ihe efu.

A hụrụ m na Pọl bụụrụ nwoke nwere oke-nmụta, na amamihe ya na omume ya n’adọrọ ndị n’ege ya ntị. Ọtụtụ ndị nwere nmụta nwere nmasị na amamihe ya, ọbụna ọtụtụ ha kwenyekwara na Jisọs. Mgbe ọbụla ọ nọ n’iru ndị-eze n’etiti ọgbakọ ukuu, ọ n’awụpụta nkwuwa-okwu ndịa n’arugide ndị niile n’ege ya ntị. Nka n’akpasu ndị nchụ-àjà na ndị okenye iwe. Pọl n’adị na njikere mgbe niile ibanye na ntụghari uche dị omimi n’agakwa n’iru idọrọ akọ n’uche ndị n’ege ya ntị, rue n’ogo nghọta dịkasịrị elu, ma kọwapụtakwa omimi nke iba ụba nke amara Chineke, n’egosikwa ha ihe itu-n’anya nke ihụnanya Kraist. Ma sitekwa n’ụzọ dị mfe ọ g’abiarukwa na nghọta nke ndị dị àlà, ma sitekwa n’ụzọ dịkasịrị ike na akowapụta ihe ya onwe ya gabigaworo, nke mere ka ha chọsie ike ibụ ndị n’eso ụzọ Kraist.

Onyenwe-anyị kpuheere Pọl na o ghaghị ijeru Jerusalem ọzọ; na a g’eke ya agbụ n’ebe ahụ na ọ g’ahụjukwa anya n’ihi áhà ya. Ma ọ bụ ezie na ọ bụ onye-nkpọrọ ọtụtụ oge, ma Onyenwe-anyị na ebukwa ọlụ ya ahụ pụrụ iche n’aga n’iru site n’aka ya. Agbụ nke Pọl g’agụ ụzọ a g’esite na ya mee ka à márá ihe banyere Kraist, ma site otua nye Chineke otuto. Dịka e zigara ya site n’obodo rue obodo ọzọ n’ihi ikpe ya ikpe, o gbara àaà banyere Jisọs, na ihe omume dị iche-iche gbasara nchegharị ya ka ọ kọwapụtara n’iru ndị-eze, na ndị ọchịchị, ka ha ghara inọ na anụghị àmà banyere Jisọs.

Imerime madụ kwenyere na ya ma ñụriakwa n’aha ya. A hụrụ m na e mejupụtara ebum n’obe nke Chineke n’ime ije Pọl n’elu osimiri, ka ndị nọkwa n’ụgbọ miri ahụ gbaa

àmà ike nke Chineke site n'aka Pọl, n'otu aka ahụ kwa ka ndị n'ekpere arụsị wee nụrụkwa áhà nke Jisọs, ma bụrụkwa ndị e mere ka ha chegharia site n'ozizi ya, sitekwa n'ihụ ihe-iribama niile nke ọ lụrụ. Ndị eze na ndị-ọchịchị ka ibobo nwụkwara n'arụ site n'ike nke ntụgharị uche ya, ma dịka, site n'ọnụ-ọku nke obi na ike nke Mụo-nsọ, o kwusara Jisọs, ma kọwapụtakwa ọtụtụ ihe dị iche-iche metụtara ndụ ya, ọmụma-ikpe nke uche rụgidere ha na Jisọs bụ Ọkpara nke Chineke, ọbụna mgbe ọ n'eju ụfọdụ anya ka ha n'ege okwu Pọl, otu onye tipụrụ mkpu, sị, ọ fọdụrụ ntakịrị ihe ka ịrugide m ịbụ onye n'eso ụzọ Kraist. Ma ha chere na n'oge ọdị niru ka ha g'echebara uche n'ihe ha nụrụ. Ekwensu wee were ohere nke itu-nchichi ahụ, ma dịka ha lepụrụ ohere-oma ahụ anya mgbe e mere ka obi ha dị nro, o funarịrị ha ebighị-ebi. Obi ha bịara sie-ike karịsia.

E gosịrị m ọlụ nke Ekwensu na ọ malitere site n'ikpuchi anya nke ndị Juu ka ha ghara ịnabata Jisọs dịka Onye-nzọpụta ha; ọzọkwa, n'iduru ha, site n'anya uku n'ihi ọlụ-ebube ya dị iche-iche, iwere ndụ ya. Ekwensu bara n'ime otu ndị n'eso ụzọ ya, ma durukwa ya ịrara ya nye n'aka ha, ha wee kpọgbue Onye-nwe ndụ n'ebube. Mgbe Jisọs bilisịrị site n'ọnwụ, ndị Juu tụkwasịrị nmehie n'elu nmehie ka ha n'achọ ikpuchi ezi-àmà nke mbili n'ọnwụ ya, site n'iji ego zụta ndị nche nke Rom ka ha gbaa àmà-ụgha. Kama mbilite n'ọnwụ nke Jisọs ka e mesiri ezi-okwu ya ike karị sitekwa na mbilite n'ọnwụ nke ọtụtụ ndị-àmà ndị sokọrọ Ya bilie. Jisọs biakutere ndị n'eso ụzọ ya, na igwe madụ karịrị narị ise n'otu oge, ọbụna mgbe ndị ahụ soro ya bilikọọ biakutekwara ọtụtụ ndị madụ n'ekwupụta na Jisọs ebiliwori.

Ekwensu emewori ka ndị Juu nupụrụ Chineke isi, site n'ijụ inara Ọkpara ya, na sitekwa n'igwachu aka ha n'obara ahụ dịkarị oke ọnụ-ahia n'ikpgịde ya n'obe n'agbanyeghị ihe ngosi sịrị-ike na Jisọs bụ Ọkpara Chineke, Onye-ngbapụta nke ụwà; ha gburu ya, n'adighị mgbe ha chọrọ inara ihe ngosi ọbụla n'ikwenyere Ya. Naanị olile-anya ha na nkasi-obi ha, dịka nke Ekwensu mgbe ọ dasịrị, bụ ijisike merie Ọkpara Chineke. Ha nọgidere n'igba mgba okpuru ha site n'ikpagbu ndị n'eso ụzọ Kraist, na igbu ha. Ọ dighị ihe dara ụda-ọjọọ na ntị ha karịa áhà Jisọs onye ahụ ha kpọgideworo n'obe; ha kpebikwara na ha a gaghị anụrụ nkwupụta ọbụla banyere Ya. Dịka n'okwu banyere Stiven, mgbe Mụo-nsọ sitere n'ọnụ ya kọwapụta ihe ngosi dị-ebube o ji bụrụ Ọkpara Chineke, ha mechiri ntị ha ka ha gharakwa ịghọta. Ọbụna mgbe ebube nke Chineke kpudoro Stiven, ha tugbukwara ya na nkume. Ekwensu jidesịrị ndị ahụ gburu Jisọs ike. Site n'ọlu-ọjọọ ha niile, e werewo onwe ha nye n'aka ya dịka ngwa-ọlụ, o sitekwara n'aka ha n'alụ ọlụ nsogbu na nkpasu iwe nye ndị kwere na Kraist. O sitere n'aka ndị Juu lụa ọlụ ikpali ndị mba ọzọ megide áhà Jisọs, megidekwa ndị niile n'eso ya, ma kwerekwa n'aha ya. Kama Chineke zigara ndị mụọ-ozi ya ịgba ndị n'eso ụzọ ya ume banyere ọlụ ha, ka ha nwe ike ikwupụta ihe ndị ha hụworo ma nụkwa, ma n'ikpeazu, nime nnọgidesike ha, werekwa ọbara ha kaa ọgbụgba-àmà ha akara.

Ekwensu ñụrịrị ọñụ na o jisịrị ndị Juu ike n'ọnya ya. Ha gakwara n'iru n'omume ha n'abaghị uru ọbụla, n'ọchụchụ-aja ha na ụkpụrụ ha. Ka Jisọs kwu n'elu obe, wee tie mkpu, ọ gwụwo, akwa mgbochi nke ụlọ-nsọ gbawara abụa, site n'elu rue àlà, n'igosipụta na Chineke agaghịkwa ezute ndị nchụ-àjà n'ime ụlọ-nsọ, inara àjà ha na omenàlà ha; na igosikwa na a kutuwo mgbịdị nkewa ahụ nke dị n'etitit ndị Juu na ndị mba ọzọ. Jisọs e nyewo onyinye nke onwe ya n'ihi mba abụa ndịa, ọbụrụkwa na a zọpụtara madụ m'ọli, mba abụa ndịa aghaghị ikwere na Jisọs dịka naanị onyinye dịrị nmehie, na onye-nzọpụtanke ụwà.

Mgbe Jisọs kwu n'elu obe, dịka onye agha ji ube mapuru ya akuku, ọbara na miri pụtara, na ụzọ nsọpụta abụa were anya, otù òkpò nke ọbara na òkpò ọzọ nke miri dị ọcha. Ọbara ahụ ka eji a sacha nmehie niile nke ndị kwere n'aha Ya. Miri ahụ nọchitere anya miri nke ndụ ahụ nke e nwetara sịta na Jisọs inye ndụ n'onye ahụ nke kwere.

Isi Nke 17—Oke Ndapụ Ahụ Site N'okwukwe

E wee buru m gaa n'iru rue oge mgbe ndị na ekpere arusi kpagburu ndị nke Kraist, ma gbue kwa ha. Ọbara sọrọ dịka iyi miri. Ndị a maara áhà ha, ndị nwere nmụta, na madụ ọbụla ọzọ, ka e gburu n'enweghị obi-ebere. Ezi-nụlọ ndị bara ọgaranya ka e mekwara ka ha daa ogbenye n'ihi na ha a rapụghị okpukperechi ha. N'agbanyeghị nkpagbu na nhuju-anya niile ndị nke Kraist ndịa nagịdere, ha e wedaghị ogo nke okwukwe ha. Ha debere okpukperechi ha ọcha. A hụrụ m na Ekwensu ñụrịrị ọñụ n'elu nhụju-anya niile nke ụmụ Chineke. Ma Chineke legịdere ma kwenyekwa n'ọnwụ nke ụmụ ya ndị kwesịrị ntụkwasi obi, ma ndị nke Kraist biri ndu n'oge ahụ dị oke egwu ka Ọ hụkwara n'anya nke ukuu; n'ihi na ha nọrọ na njikere ịta ahụhụ n'ihi Ya. Nhụju-anya ọbụla nke ha nagịdere mụbakwara ụgwọ-ọlụ ha n'eluigwe. Kama ọ bụ ezie na Ekwensu ñụrịrị ọñụ n'ihi na ndị nsọ tara ahụhụ, ma o jughị ya afọ.

Ọ chọrọ itụrụ uche na anụ-arụ ụka. Nhụju-anya niile ndị nke Krasit ndịa nagịdere duuru ha biarue nso onyewe-anyị, ma durukwa ha ihụrịta onwe ha n'anya, ma kpatakwara ha ịtụ ụjo imehie ya. Ekwensu nwere nmasị iduru ha imehie Chineke; ka ha wee tufue ike ha, ndịdi ha na nguzosike ha. Ọ bụ ezie na e gburu nnukuru nnu madụ, kama ndị ọzọ na etolitekwa iwere ọnọdụ ha. Ekwensu hụrụ na ọ n'etufu ndị nke ya, n'ihi na ọ bụ ezie na ha tara ahụhụ nke nkpagbu na ọnwụ, kama ha bụ ndị e chekwara n'ime Jisọs Kraist, ibụ ndị nke àlà-eze ya, na ọtụrụ ụkpụrụ ya niile ịlụ ọgụ nke oma megide ọchịchị nke Chineke, ma kwatuekwa nzukọ ya. O duru ndị ahụ n'ekpere arụsị ịnakwere ụfọdụ n'ime okwukwe nke ndị nke Kraist. Ha kọọrọ ikwenye n'ọnwụ nke obe na nbilite n'ọnwụ nke Kraist, n'enweghị ngbanwe nke obi, ma nwe nchekube ijikọta onwe ha na ndị n'eso ụzọ Jisọs. O bụ ọghọm dị egwu nye nzukọ!

Nka bụ oge ihe ngbu nke akọ-n'uche. Ụfọdụ chere na ọ bụrụ na ha ga- eweda onwe ha ma jikọtakwa onwe ha na ndị ahụ n'ekpere arụsi bụ ndị n'anarawo ụfọdụ okwukwe nke ndị nke Kraist, o g'abụ ụzọ nchegharị ha. Ekwensu n'achọ imerụ ụkpụrụ nke akwụkwọ nsọ. N'ikpeazu a hụrụ m ka e wedara ogo ya, na ndị n'ekweghị-ekwe n'ejikọkwa onwe ha na ndị nke Kraist. Ha a bụrụwori ndị na efe arụsi, ma ọ bụ ezie na ha na-si na ha bụ ndị nke Kraist, ha webatakwara ikpere arụsi ha. Ha gbanwere naanị ihe ndịa ha n'efe ofufe, ịdị n'oyiyi nke ndị nsọ, na ọbụ n'oyiyi nke Kraist, na nke Meri nne Jisọs. Ndị nke Kraist jiri nwayọ jikọta onwe ha na ha, na okpukperechi nke ndị nke Kraist ghọrọ ihe e merụrụ emerụ, ma nzukọ tufukwara ịdị-ọcha ya na ike ya. Ụfọdụ jụrụ ijikọ-aka ha na ha ma chekwata ịdị-ọcha ha, ma feekwa naanị Chineke ofufe. Ha a kpọghịkwa isi-àlà nye oyiyi ihe ọbụla nke dị n'eluigwe n'elu, m'ọbụ nke dị n'ụwà n'okpụrụ ya.

Ekwensu ñụrịrị ọñụ n'ihi ọdịda ọtụtụ madụ, ma kpaliekwa nzukọ ahụ daworo ada ka o were aka ike rụgịde ndị niile g'edebe ịdị-ọcha nke okpukperechi ha, ka ha nabata ememe

ha nke ife ihe oyiyi m'ọbụ itinye ha n'aka ọnwụ. Ọkụ nke mkpagbu ka a mụnyekwara ọzọ megide ezi nzukọ nke Jisọs Kraist, na e gbukwara nnukuru nnu madụ na e meghị ebere.

E gozipụtara ya n'iru m n'ụzọ dị otua: ụsụụ ndị na ekpere arụsi buru ọkọlọtọ jiri-nji nke ihe ndị e sere n'elu ya bụ anyanwụ, ọnwa na kpakpando. Ọgbakọ ahụ dịka ndị n'eyi egwu na ndị n'ewe iwe. Mgbe ahụ e gosikwara m ọgbakọ ọzọ na ebu ọkọlọtọ dị-ọcha nke e dekwasikwara n'elu ya, ịdị-ọcha na ịdị nsọ dịrị Onyenwe-anyị. Iru ha ka a hụkwara nnọgidesike na nnọyere nke eluigwe. A hụrụ m ndị ahụ n'ekpere arụsi ka ha n'ejeru ha nso, ogbugbu dị ukuu dịkwa. Ndị nke Kraist gbazere n'iru ha, ma otu ọdị igwe ndị nke Kraist ahụ gbakọkwara ọnụ na ejidesikwa ọkọlọtọ ahụ ike. Ka ọtụtụ n'ada, ndị-ọzọ na agbakuru kwa ọkọlọtọ ahụ inọchi ọnọdụ ha.

A hụrụ m igwe ndị ahụ n'ekpere arụsi ka ha na akparite ụka n'ime onwe ha. Ha dara n'ime ka ndị nke Kraist rapụ okwukwe ha, ha wee kwekọrịta n'ụkpụrụ ọzọ. A hụrụ m ha ka ha wedatara ọkọlọtọ ha, wee jekuru ndị nke Kraist ahụ nọgidesịrị ike, ma chọọ ka ha nwe nkwekọrịta. Na nmalite, ọchịchọ ha bụ ihe a jụrụ-aju n'ụzọ ọbụla. Mgbe ahụ m we hụ igwe ndị nke Kraist ahụ ka ha n'enwekwa ntụgharị-uche na nzukọ ha. Ụfọdụ sịrị na ha g'eweda ọkọlọtọ ahụ, nakwerekwa ọchịchọ ndịa ma zọpụta ndu onwe ha, ma n'ikpeazu ha pụrụ inweta ike ibulite ọkọlọtọ ahụ, kama iweda ya mgbe ahụ a hụrụ m ọtụtụ n'ime ndị ọgbakọ nke Kraist ahụ ka ha wedara ọkọlọtọ ahụ, wee kekọtakwa onwe ha na ndị ahụ n'ekpere arụsi; ọbụna mgbe ndị ahụ n'anọgidesike jidere ọkọlọtọ ahụ, ma bulie ya elu ọzọ. A hụrụ m ndị madụ n'otu n'otu ka ha na arapụ ọgbakọ nke ndị n'ebu ọkọlọtọ ahụ dị-ọcha, wee n'eso ndị ahụ n'ekpere arụsi, n'ejikọtakwa onwe ha n'okpuru ọkọlọtọ ojii ahụ, ikpagbu ndị ahụ n'ejide ọkọlọtọ ọcha ahụ, ma ọtụtụ ka e gebukwara; n'agbanyeghị nka, ọkọlọtọ-ọcha ahụ ka e buliri-elu, ọbụna madụ dị iche-iche ka e wulitekwara elu inọgide ya gburu-gburu.

Ndị Juu ahụ malitere nkpasu iwe nke ndị na ekpere arụsị megide Jisọs, a gbapụghị kwa na nsogbua. N'ime ụlọ ikpe ndị Juu ọnụma juru obi tiri mkpu, mgbe Pailet tụrụ nchichi ima Jisọs ikpe-ọnwụ. Ka ọbara ya dị n'isi anyị na n'isi ụmụ anyị. Agbụrụ ndị Juu hụrụ nmezu nke ajụọ ọbụbụ ọnụ a nke ha kpatara n'isi onwe ha. Ndị n'ekpere arụsị na ndị ọzọ a kpọrọ ndị nke Kraist yikọrọ bụru ndị iro ha. Ndị ahụ kpọrọ onwe ha ndị nke Kraist, sitere na ọnụ-oku nke obi ha n'ihi obe nke Kraist, n'ihi na ndị Juu kpọgidere Jisọs n'obe chere na mgbe ha na enye ha oke ntaram'ahụhụ ka o g'abụ na ha n'eme ihe n'atọ Chineke ụtọ; ya mere ọtụtụ ndị Juu n'ekweghị-ekwe ka e gburu, e wee na-chụgharịkwa ndị ọzọ site n'otu ebe rue n'ebe ọzọ, ma n'atakwa ha ahụhụ n'ụzọ niile dị iche-iche.

Ọbara nke Kraist, na nke ndị n'eso ụzọ ya, ndị ha gburu egbu, nọkwa n'isi ha, nke e letakwara ha site n'ikpe dị oke egwu. Ọbụbụ-ọnụ nke Chineke sọkwara ha, wee bụrụ ihe e ji eme okwu na ihe ikwa-emo nye ndị n'ekpere arụsi ma nyekwa ndị nke Kraist. Ha bụrụ ndị a jụrụ aju, ndị e wedara n'àlà na ndị a kpọrọ asị, dịka a ga asi na ọbụbụ-ọnụ nke Ken

dakwasịrị ha. Ma otu ọdị a hụrụ m na Chineke kpuchitere ndịa n'ụzọ dị ebube, na o mere ka ha gbasaa n'akụkụ nile nke ụwà, ka e wee hụ ha dịka ndị e letara n'ụzọ pụrụ iche site na ọbụbụ-ọnụ nke Chineke. A hụrụ m na Chineke a jụworị ndị Juu dịka obodo; kama otu akụkụ n'ime ha dịkwa ndị a g'eme ka ha dọkaa ihe mgbochi ahụ dị n'obi ha. Ụfọdụ g'ahụkwa na ihe e buru n'amụma e mezuwo banyere ha, na ha g'anarakwa Jisọs dịka onye-nzọpụta nke ụwà, ma hụkwa nmehie ukuu nke obodo ha n'ijụ Jisọs, na ikpọgịde ya n'obe. Madụ dị-iche-iche n'etiti ndị Juu g'echgharịkwa; kama dịka obodo, Chineke ajụwo ha ebighị-ebi.

Isi Nke 18—Ihe Omimi Nke Nmebi Iwu

ỌBụworị atụmatụ nke Ekwensu ịdọrọ echiche ụmụ madụ site n'ebe Jisọs nọ tụkwasị ya na madụ, na imebi nhazi nke onwe onye. Ekwensu dara n'atụmatụ ya mgbe ọ nwara Ọkpara Chineke ọnwụnwa. O meriri karịa mgbe o bikutere madụ dárá-ada. Ụkpụrụ nke okpukperechi ndị nke Kraist ka e merụkwara. Ndị Pop na ndị nchụ-àjà chekubere iwere ọnọdụ dị elu, ma kuziekwara ndị madụ ilekwasị ha anya ịgbaghara ha nmehie ha, karịa ha ilekwasi Kraist anya n'onwe ha. E zonariri ha akwụkwọ-nsọ, ka ha wee kpuchie eziokwu ndịa niile ga-àmà ha ikpe.

E duhiere ndị madụ n'ụzọ niile. A kuziri ha na ndị Pop na ndị nchụ-àjà bụ ndị nọchitere anya Kraist, mgbe o bụ ezie na ha nọchitere anya Ekwensu; nke bu na mgbe ha na erudatara ha, o bụ Ekwensu ka ha n'efè. Ndị madụ kpọrọ oku ka e nye ha akwụkwọ nsọ; kama ndị nchụ-àjà letara ya dịka ihe ọghọm ikwere ka ha nweta okwu Chineke ha g'agu n'onwe ha, ka o g'abụ mgbe ha matara eziokwu, na nmehie ha g'apụta ihè. Eziri ndị madụ ilekwasị ndị nduhie a, ma narakwa okwu ọbụla nke sitere n'ọnụ ha, dịka okwu sitere n'ọnụ Chineke. Ha jigịdere ike nke uche madụ nke naanị Chineke kwesịrị ijide. Na ndị ọbụla nke nwara isoro ako-n'uche nke onwe ha, g'anata ụdi ikpọ-asị ahụ nke Ekwensu na ndị Juu kpọrọ Jisọs, ọbụna ndị nọ n'ọchịchị g'achọkwa iwụsị ọbara ha. E gosịrị m otu oge mgbe Ekwensu meriri n'ụzọ pụrụ iche. Imerime ndị nke Kraist ka e gburu n'ụzọ dị oke egwu n'ihi na ha g'echekwa ịdị-ọcha nke okpukperechi ha.

Akwụkwọ nsọ ka a kpọrọ asị, a gbalikwara ime ka elu ụwà ghara inwe okwu Chineke a nke dị oke ọnụ-ahia. E jiri iwu nke ọnwụ aru-ufụ machigịde igụ akwụkwọ nsọ, ọbụna akwụkwọ-nsọ niile a chọpụtara ka a gbakwara ọkụ. Ma a hụkwara m na Chineke nwere nkpachara anya pụrụ iche banyere okwu Ya. O chekwara ya. N'oge dị iche-iche, naanị akwụkwọ-nsọ ole na ole fọdụrụ, ma otu ọdị Chineke adịghị ekwe ka okwu Ya fue. Ọ bụna n'oge ikpeazu, akwụkwọ-nsọ g'abụ ihe a mubara ka ezi na ụlọ ọbụla nwe ike inweta ya. A hụrụ m na mgbe ọfọdụrụ naanị akwụkwọ-nsọ ole nole, Ọ bụuru ihe oke ọnụ-ahia na ihe nkasi-obi nye ndị n'eso ụzọ Jisọs a na kpagbu. A gụrụ ya nụzọ nzuzo, ọbụna ndị nwere ohere ọma dị elu dịka nka hụrụ ya dịka ha nweworo nkparite ụka ha na Chineke, na Ọkpara ya Jisọs, na ndị n'eso ụzọ ya kwa. Kama ohere ọma nka a gọziri agọzi riri ndụ ọtụtụ n'ime ha. Mgbe ọbụla a chọpụtara ha, a n'adọkpụrụ ha site n'ebe ha n'agụ okwu nsọ Chineke rue n'akwa nbipụ-isi ha, ma o bụ n'osisi a na e kedo ha, ma o bụ n'ụlọ nkpọrọ ebe ha g'anwụ n'enweghị ire oriri.

Ekwensu apụghị igbochi atụmatụ nke nzọpụta. A kpọgịdere Jisọs n'obe, nke O bilikwara ọzọ n'ụbọchị nke atọ. Ọ gwara ndị mụọ-ozi ya na ọ g'emekwa ọbụna ọnwụ nke obe a na nbilite n'ọnwụ ya bụrụ akụkọ na ọdịmma nke ya onwe ya. Ọ bụ nmasị ya ka ndị niile nwere okwukwe na Jisọs kwenye kwa na iwu niile metutara nchụ-àjà nke ndị Juu na

onyinye niile kwụsịrị n'ọnwụ nke Kraist, m'ọbụrụkwa na o pụrụ inuru ha ga n'iru, meekwa ka ha kwenye na iwu-iri Chineke sokọrọ Kraist nwụa.

A hụrụ m na ọtụtụ nyere onwe ha n'aghụghọ Ekwensu a. Eluigwe niile maliri n'iwe, ka ha hụrụ iwu nsọ nke Chineke ka a zodoro ya ụkwụ. Jisọs na ụsụụ ndị eluigwe niile maara ọdịdị iwu Chineke nke ọma; ha matara na ọ gaghị agbanwe m'ọbụ mebie ya. Ọnọdụ-ọjọọ nke madụ kpatara iri-uju dịkasị omimi na eluigwe, nke kpaliri Jisọs ikwenye inwụ n'ihi ndị nmebi-iwu nsọ nke Chineke. Ọbụrụ na a pụrụ imebi iwu ya, madụ ka a pụrụ izọpụtakwa n'abụghị site n'ọnwụ Jisọs. Ọnwụ Kraist emebighị iwu nke Nna ya; kama ọ mụbara ya ma nyekwa ya nsọpụrụ, na akwadokwa ige-nti n'ụkpụrụ ya niile. A sị na nzukọ nọgidere n'ịdị ọcha na ikwesi ntụkwasị obi, Ekwensu agaghị enwe ike iduhie ha, ma duru ha izọ ụkwụ na iwu nke Chineke. Site n'atụmatụ anya-ike nka, Ekwensu n'eti aka n'iru anya megide ntọ-àlà ọchịchị nke Chineke n'eluigwe na n'elu ụwà. Nnupu-isi ya mere ka a chụpụ ya site n'eluigwe. Mgbe o nupụrụ isi, n'ichọ izọpụta onwe ya, o chọro ka Chineke gbanwe iwu ya; kama Chineke gwara Ekwensu, n'iru ụsụụ niile nke eluigwe, na iwu ya a dighị a gbanwe agbanwe. Ekwensu mara na Ọ bụrụ na o nwere ike ime ka ndị ọzọ mebie iwu Chineke na ndị ahụ a bụrụwokwa ndị nke ya; n'ihi na onye mebiri iwu ya ọbụla aghaghị inwụ.

Ekwensu kpebiri iga n'irukwa karịa. Ọ gwara ndị mụọ-ozi ya na ụfọdụ g'enwe ekworo megide iwu Chineke nke n'apughị imata ha n'ọnya nka; na iwu iri ahụ were anya nke ọma na ọtụtụ madụ g'ekwenye na ha n'adịgịdekwa; n'ihi nka ọ ghaghị ichọ ụzọ imerụ iwu nke anọ bụ nke n'egosipụta Chineke nke n'adị ndụ. O wee duru ndị nọchitere anya ya ịnwa ịgbanwe ụbọchị-izuike, ma gbanwekwa naanị iwu ahụ n'ime iri nke n'egosipụta ezi Chineke ahụ, bụ onye mere eluigwe na ụwà. Ekwensu gosịrị ha mbilite n'ọnwụ dị ebube nke Jisọs, ma gwakwa ha na site na mbilite ya n'ụbọchị nke mbụ n'izu, na Ọ gbanwere ụbọchị izuike site n'ụbọchị nke asaa bia n'ụbọchị nke mbụ n'izu. Site n'ụzọ dị otua Ekwensu jiri mbilite n'ọnwụ ahụ mejupụta ebum n'obi ya. Ya onwe ya na ndị mụọ-ozi ya ñụrịrị ọñụ na okwu ụgha nka ha doziri gara nke ọma n'ebe ndị kpọrọ onwe ha ndị enyi Kraist nọ. Ihe otu onye pụrụ ile anya dịka ihe ụjọ n'okpukperechi, nke ahụ ka onye ọzọ g'anara. Ụgha ndịa niile dị iche-iche ka a g'anabata, ma werekwa inu-ọkụ n'obi kpepụta ha. Uche nke Chineke nke e kpuhere n'ụzọ were anya n'ime okwu ya, ka e jiri okwu ụgha na omen'àlà kpuchie, nke a kuzikwara dịka iwu nke Chineke. Ma ọ bụ ezie na nduhie nka yiri ihe sitere n'eluigwe ka a g'eme ka e buru ya rue oge niile ọbụna rue kwa ọbịbịa abụa nke Jisọs, ma otu ọdị, ọbụna n'oge a niile nke okwu ụgha na nduhie, ọ dighị mgbe Chineke nọ n'enweghị onye na agbara ya àmà. Ọtụtụ ezi ndị-àmà kwesịrị ntụkwasị-obi dị, ndị n'edebe iwu niile nke Chineke n'oge niile nke ọchịchịri na nkpagbu nke nzukọ.

A hụrụ m na ndị mụọ-ozi jupụtara nihe itụn'anya ka ha legịdere nhuju-anya na ọnwụ nke Eze nke ebube. Kama a hụkwara m na ọ bụghị ihe iju-anya nye ụsụụ nke ndị mụọ-ozi na Onyenwe ndụ na otuto, onye mejupụtara eluigwe niile n'ọñụ na ịdị ukuu, ga agbaji ihe okike niile nke ọnwụ, ma zọpụ ụkwụ site n'ụlọ mkpọrọ ya dịka onye meriri emeri. Ọ

bụrukwa na otu n'ime ihe omume ndịa ka a g'eji ụbọchị izuike mara, o bụ nkpọgide a kpọgịdere ya n'obe. Kama, a hụrụ m na ọdighị otu n'ime ihe omume ndịa e doziri iji gbanwee m'ọbụ mebie iwu Chineke; kama ha na enye ngosi sikarịrị ike banyere agbanweghị agbanwe ya.

Ihe omume abụa ndịa nwekwara ihe e ji echeta ha. Site na isokọ na nri anyasi nke Onyenwe-anyị, na achịcha a nyawara na nkpụrụ nke vaini, anyị na egosipụta ọnwụ nke Onyenwe-anyị rue mgbe ọ gabia. Site na idebe ihe ncheta nka, ebe niile nke nhụju-anya ya na ọnwụ ya ka a n'akpọlite ọhụụ na akọ-n'uche anyị. Nbilite n'ọnwụ Kraist ka a n'echeta site na ilikọ anyị na ya na baptizim, ma kulitekwa anyị pụa site n'ili nke miri na n'oyiyi nke nbilite n'ọnwụ ya, n'ime ịdị-ọhụụ nke ndu.

E gosịrị m na iwu Chineke g'eguzosi ike rue ebigh ebi, ma dikwa n'ụwà ọhụụ rue mgbe niile ebigh ebi. Na okike ụwà, mgbe a tọrọ ntọ-àlà nke ụwà, ụmụ Chineke lekwasịrị anya obi-ụtọ na ọlụ aka nke Onye-okike, ụsụụ nile nke eluigwe tikwara mkpu-ọñụ. Ọ bụkwa mgbe ahụ ka a tọrọ ntọ-àlà nke ụbọchị izuike. Na nmechi nke ụbọchị isii nke ọlụ-okike, Chineke zuuru ike n'ụbọchị nke asaa site n'ọlụ ya niile nke Ọ lụrụ; O wee gọzie ụbọchị izuike ma dookwa ya nsọ, n'ihi na n'ime ya ka O zuru ike site n'ọlụ ya niile. Ụbọchị izuike ahụ ka e hiwere n'Iden tutu ọdịda ahụ, nke Adam na Iv debekwara, na ụsụụ niile nke eluigwe. Chineke zuru ike n'ụbọchị nke asaa, ma gọzie ya ma dookwa ya nsọ; a hụkwara m n'ọdighị mgbe a g'ewezuga ụbọchị izuike ahụ; kama ndị nsọ a gbapụtara, na ụsụụ ndị mụọ-ozi niile, g'edebekwa ya na nsọpụrụ nke Onye-okike ukuu ahụ rue mgbe niile ebighị-ebi.

Isi Nkɛ 19—Ọnwụ, Ọ bụghị Ndu Ebighị-ebi N'imɛ Ahụhụ

Ekwensu malitere nduhie ya n'Iden. Ọ gwara Iv, ị gaghị anwụ m'ọli. Nka bụ ozizi mbụ nke Ekwensu banyere anwụghị anwụ nke nkpụrụ obi; o buruwokwa nduhie nka site n'oge ahụ rue ugbua, o ga eburukwa ya rue mgbe ndọta n'oru nke ụmụ Chineke g'abụ ihe a tụgharịrị. A tụụrụ m aka n'ebe Adam na Iv nọ n'Iden. Ha riri mkpụrụ sitere n'osisi ahụ a gwara ha e rila, ma mgbe ahụ e dotekwara mma-agha ire-ọkụ ahụ gburu-gburu osisi nke ndụ ahụ, ma a chụpụkwara ha site n'ogige ahụ, ka ha ghara irikwa mkpụrụ sitere n'osisi nke ndụ ahụ, ma bụrụ ndị nmehie n'adịghị anwụ anwụ. Osisi nke ndụ ahụ bụ ime ka anwụghị anwụ dị. A hụrụ m otu mụọ-ozi ka o jụrụ si, ọ bụ onye n'ime ezi-n'ụlọ Adam gabigara mma agha ire-ọkụ ahụ, ma riekwa mkpụrụ sitere n'osisi nke ndụ ahụ? M wee nụ olu mụọ-ozi ọzọ ka a zara si, ọdịghị otu onye sitere na ezi-n'ụlọ Adam gabigaworo mma-agha ahụ, n'egbuke egbuke, ma riekwa mkpụrụ sitere n'osisi nke ndụ ahụ, n'ihi nka ọdịghị onye nmehie ọbụla n'adịghị anwụ anwụ dị. Nkpụrụ obi ọbụla nke mehiere ga anwụ ọnwụ ebighị-ebi. Ọnwụ nke g'anọgide ebighi ebi, ebe olile anya nke mbilite n'ọnwụ n'agaghị a dị; mgbe ahụ ka a g'emejụ iwe nke Chineke.

Ihe iju-anya ka ọ bụworo nye m na Ekwensu pụrụ imeri nke ọma n'ime ka ụmụ madụ kwenye na okwu Chineke, nke sị na nkpụrụ obi ọbụla nke mehiere ga anwụ, pụtara na nkpụrụ obi ọbụla nke mehiere agaghị anwụ, kama ọ g'adi ndụ ebighị-ebi n'ime nhụju-anya. Mụọ-ozi ahụ sịrị, ndụ bụ ndụ, m'ọbụ n'arụ-ufu m'ọbụ n'obi-ụtọ. Ọnwụ enweghị ihe mgbu, nweghịkwa ọñụ, nweghịkwa ikpọ asị.

Ekwensu gwara ndị mụọ-ozi ya ka ha lusie ọlu ike igbasa nduhie na ụgha ahụ nke o kwụghachiri na mbụ nye Iv n'Iden sị, ị gaghị anwụ m'oli. Ma dịka ndị madụ nabatara okwu ụgha ahụ, ma kwerekwa na madụ adịghị anwụ anwụ, Ekwensu dukwara ha gaa n'iru ikwenye na onye nmehie g'adị ndụ n'ime nhụjuanya ebighị-ebi. Mgbe ahụ e doziri ụzọ nye Ekwensu ịlụ ọlụ site na ndị nnochite anya ya. Ma gosi Chineke n'iru ndị madụ dịka onye nmegwa aka-ike; na ndị niile n'emeghị ihe n'atọ ya ụtọ, ka ọ g'atụnye n'ọku àlà-mụọ, ma meekwa ka ha nọgide mgbe niile n'ime iwe ya, ka ha wee taa ahụhụ n'ihe mgbu nke ọnụ n'apụghị ịkọ, mgbe ọ g'enwekwa ojuju afọ na ile ha anya ka ha n'ata ikiri-eze n'ime oke arụ-ụfụ. Ekwensu matara na ọ bụrụ na a g'anabata okwu ụgha nka, ọtụtụ madụ g'atụ

Chineke ụjọ ma kpọkwa ya asị, kama ihụ ya n'anya na ile ya anya ọma; na a g'edurukwa ọtụtụ madụ ikwenye na ịba-mba niile nke okwu Chineke agaghị emezu n'anụ-arụ; n'ihi na ọ g'emegide ọdịdị ya nke bụ obi-ebere na ihụnanya, ịkwanye ndị O kere eke n'ime nhụju-anya ebighị-ebi. Ekwensu e duruwo ha rue ụsọtụ ọzọ, na ilepụ anya n'ikpe ziri ezi nke Chineke, na iba-mba niile nke dị n'ime okwu ya, ma werekwa ya dịka onye bụ naanị ebere na ọ dịghịkwa otu onye ọbụla ga-àlà n'iyi, kama madụ niile, ndị nsọ na ndị ajụọ-omume, g'abụ ndị a zọpụtara na àlà-eze ya. N'ihi nlụpụta nke okwu ụgha ahụ pụtara ihè bụ anwụghị anwụ nke nkpụrụ-obi, na ntaramahụhụ agwụghị-agwụ, Ekwensu nwetara

ndị ọzọkwa, ma durukwa ha iwere akwụkwọ-nsọ dịka akwụkwọ n'esiteghị n'obi Chineke. Ha chere na ọ n'akuzi ezi ọtụtụ ihe dị mma; kama ha a pụghị ịdabere na ya ma hụ ya n'anya; n'ihi na a kuziworo ha na ihe ọ n'ekwupụta bụ ụkpụrụ nke ntaramahụhụ ebighi-ebi.

Ekwensu nwetakwara ndị ọzọ durukwa ha, ga n'iru igọnarị ịdị-adị nke Chineke. Ha ahụtaghị inwe out-olu n'agwa Chineke nke akwụkwọ-nsọ, m'ọbụrụ na o g'eme ka ụfọdụ ụmụ madụ taa ahụhụ ebighị-ebi; ha wee gọnarị akwụkwọ-nsọ na onye nyere ya, ma were ọnwụ dịka ịrarụ ura ebighị-ebi.

Mgbe ahụ Ekwensu duuru òtù ọzọkwa ndị ụjọ banye ime nmehie; ma mgbe ha mesịrị nmehie, ọ n'egosikwa ha na ụgwọ-ọlụ nke nmehie a bụghị ọnwụ, kama ndụ ebighị-ebi n'ime oke ntaramahụhụ, nke a g'enwe ntachi-obi na ya ogololgo ụbọchị niile nke ndụ. Ekwensu na ahazikwa ohere ya nke ọma, n'emekwa ka ọsaa mbara n'ime obi ndị dara mba ahụhụ niile nke ọkụ àlà-mụọ ebighị-ebi, ma jidekwa akọ-n'uche ha, ha wee tufue echiche ha. Mgbe ahụ Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ñụrịrị n'ime nmeri, ma ndị n'ekweghị ekwe na ndị n'amaghị Chineke jikọrọ aka ikwujọ okpukperechi nke Kraist. Ha were nlụpụta sitere na nkwenye nke akwụkwọ-nsọ na onye dere ya.

A hụrụ m na ụsụụ ndị eluigwe jupụtara na ọnụma banyere ọlụ anya-ike dị otua nke Ekwensu. A juru m ihe mere e ji kwenye ka ndahie ndịa niile nwee ike n'obi madụ, mgbe ndị mụọ-ozi nke Chineke siri ike dị, nke bụ asi na e ziga ha, o dịrị ha mfe ịla ike nke onye-iro ahụ n'iyi. Mgbe ahụ a hụrụ m na Chineke matara na Ekwensu g'agbali ụzọ niile ịla ndụ madụ n'iyi; n'ihi nka ka o mere ka e depụta okwu ya, ma meekwa ụzọ ya niile ka o wee anya nke ọbụna onye dakasịrị mba ekwesighị idahie. Ma, mgbe o nyesịrị madụ okwu, o kpachakwaara anya ichekwa ya, ka Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya, site n'aka onye nnochite anya ya ọbụla, ghara ịla ya n'iyi. ọbụna mgbe akwụkwọ ndị ọzọ pụrụ ịla n'iyi, akwụkwọ nka g'adị anwụghị anwụ. Ma rue kwa nso ọgwụgwụ nke oge, mgbe nduhie niile nke Ekwensu g'aba ụba, akwụkwọ nka ka a g'amụbakwa, ka ndị niile chọrọ ya g'enweta akwụkwọ ahụ nke kpuhere uche Chineke nye madụ, ma, ọbụrụkwa na ha chọrọ, ka ha jikwaa onwe ha megide nduhie niile na ọlụ ebube ụgha niile nke Ekwensu.

A hụrụ m na Chineke chekwara akwụkwọ-nsọ ahụ n'ụzọ pụrụ iche, ma otu ọdị, ndị nwere nmụta, mgbe akwụkwọ ahụ dị ole na ole, gbanweworo nkpụrụ okwu ya n'ụzọ dị iche-iche, n'eche na ha n'eme ya ka o wekarị anya; mgbe ha n'emelu ihe ahụ nke wekwarari anya, n'ime ya ka ọ dabere na nghọta nke onwe ha, nke ome-n'àlà na achị. Kama a hụrụ m na okwu Chineke, n'ozuzu-oke ya, bụ iyagba zuru oke, otu nkega nke akwụkwọ-nsọ na akọwa nkega nke ọzọ. Ndị ji obi ha na achọ ezi-okwu ahụ ekwesighị idahie; n'ihi na ọ bụghị naanị na okwu Chineke dịkwa mfe nikowapụta ụzọ nke ndụ, kama e nyekwara Mụo-nsọ iduzi akọ-n'uche nụzọ nke ndụ ahụ e kpuhere n'ime okwu ya.

A hụrụ m na ndị mụọ-ozi Chineke adịghị mgbe ha g'atụrụ ọchịchọ madụ uka. Chineke debere n'iru madụ ọnwụ na ndu. Madụ pụrụ inwe nhoro nke aka ya. Ọtụtụ chọro ndu, ma nọrọkwa n'eje ije n'okporo-ụzọ ahụ dị obosara, n'ihi na ha adịghị ahọrọ ndụ.

A hụrụ m obi-ebere na ọmiko nke Chineke n'inye Ọkpara ya ka o nwụa n'ihi madụ ikpe mara. Ndị n'adịghị ahọrọ inara nzọpụta nke e jiri oke ọnụ-ahia dị otua zutara ha, ka a g'enye ntaramahụhụ. Ndị Chineke kere a họrọwo inupu-isi megide ọchịchị ya; kama a hụrụ m na Chineke emechibidoghị ha ụzọ na ọkụ àlà-mụọ inagide ọnọdụ-ọjọọ ebighị-ebi. Ọ gaghịkwa akpọrọ ha la eluigwe; n'ihi na ikpọta ha n'ime ọgbakọ ndị dị ọcha dịkwa nsọ, g'eme ha obi ezughị ike n'ụzọ niile. Chineke a gaghị akpọru ha eluigwe, ma ọ gaghịkwa e me ka ha taa ahụhụ ebighị-ebi. Ọ g'ebibi ha n'ozuzu-oke, ma meekwa ha ka ọ dighị mgbe ha diworo, mgbe ahụ ka ikpe ezi omume ya g'emezu. O kere madụ site n'aja nke àlà, ma ọkụ g'erechapụ ndị n'adighị ege nti na ndị n'adighị nsọ, ha g'alaghachikwa n'aja-àlà ọzọ. A hụrụ m na nmeso oma na obi-ebereị nke Chineke na nka, g'eduru madụ niile inwe nmasị n'omume ya, na ichọ ya mma; ma mgbe a lasịrị ndị nmebi-iwu n'iyi pụa n'ụwà, ụsụụ niile nke eluigwe g'asikwa, Amen!

Ekwensu jiri obi-ụtọ legide ndị ahụ niile n'akpọ áhà Kraist, ma bụrụkwa ndị n'agbaso ụzọ nduhie niile ndịa nke ya onwe ya mepụtara. Ọlụ ya bụ imepụtakwa ụzọ nduhie ọhụụ ndị ọzọ dị iche-iche. Ike ya na amụbakwa, o na etọkwa eto nụzọ aghụghọ ya niile. O duuru ndị nọchitere anya ya na aga n'iru, ndị Pop na ndị nchụ-àjà , ibuli onwe ha elu, na ikpali ndị madụ ka ha kpagbue ndị ahụ niile hụrụ Chineke n'anya, bụ ndị n'adighị enye onwe ha na nduhie ahụ niile, e sitere n'aka ha wepụta. Ekwensu banyere n'obi ndị ọlụ ya ibibi ndị niile n'eso ụzọ Kraist n'ikwesi ntụkwasị-obi. O le ka ọdị bụ ntaramahụhụ na iri-uju, nke ha mere ndị ahụ dị oke ọnụ-ahia nke Chineke inagide! Ndị mụọ-ozi edebawo ihe ndịa niile n'akwụkwọ n'ụzọ eziokwu. Ma Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ñụrịrị ọñụ nmeri, ma gwakwa ndị mụọ-ozi n'elekota, n'agbakwa ndị nsọ ahụ niile n'ahụju anya ume, na ha g'egbukwa ha, nke na ọ gaghị a dịkwa otu ezi onye nke Kraist n'elu ụwà. A hụrụ m na nzukọ Chineke dịkwara ọcha mgbe ahụ. Ọ dighị ihe ọghọm nke ụmụ madụ e merụrụ emerụ n'obi ibata n'ime nzukọ nke Chineke dị n'oge ahụ; n'ihi na ezi onye nke Kraist ọbụla, onye kwupụtara okwukwe ya, nọkwari n'ihe ọghọm nke ibipụ-isi ya m'ọbụ ikwụba ya n'osisi, na ntaramahụhụ ọbụla nke Ekwensu na ndị mụọ-ọjọọ ya pụrụ imepụta, ma tinyekwa ya n'obi madụ.

Isi Nke 20—Nmegharị Ihe Ahụ

Ma n'agbanyeghị nkpagbu niile na ogbugbu nke ndị nsọ, kama ndị-àmà dị ndụ ka a kpọlitere n'aka ndị ọbụla. Ndị mụọ-ozi nke Chineke nọgidekwara n'ọlụ nke e nyere ha n'aka ịlụ. Ha nyochara n'ebe niile gbara ọchịchịri, na arọpụtakwa site n'ọchịchịri, ndị ikom ndị nwere ezi-okwu n'ime obi ha. Ha niile bụkwaara ndị e liri-eli n'ime okwu ụgha, ma otu ọdị Chineke họkwaara ha dịka o mekwara Sọl, dịka ụgbo nke g'ebu ezi-okwu ya, ma welie olu ha megide nmehie niile nke ndị kpọrọ onwe ha ndị nke ya. Ndị mụọ-ozi nke Chineke kpaliri Martin Luther, Melenthon, na ndị ọzọ n'ebe dị iche-iche, akpịrị ikpọ ha nkụ banyere àmà ahụ dị ndụ nke okwu Chineke. Onye iro a batawọkwari dịka oke iju miri, ma a ghaghị ibuli ogo nke ọnọdụ elu megide ya. Ọ bụkwa Luther ka a rọpụtara imenyụ oke-ifufe a, na ibili medgide omume nke nzukọ dara-ada, na ịgba ha ume bụ madụ ole na ole ndị kwesịrị ntụkwasị-obi na okwukwe ha dị nsọ. Ọ n'atụkwa egwu mgbe niile ka ọ rapụ imehie megide Chineke.

Ọ gbalịrị ịlụsi ọlụ ike ka o nweta iru-ọma nke Chineke; kama ọdighị mgbe o nwetara ojuju-afọ rue mgbe ihe nke sitere n'eluigwe chụpụrụ ọchịchịri site n'obi ya, ma durukwa ya ịtụkwasị obi, ọ bụghị n'ọlụ dị iche-iche, kama n'izu-oke nke ọbara Kraist; na ibikute Chineke n'onwe ya, Ọ bụghịkwa site na ndị Pop m'ọbụ ndị n'ekwupụta nmehie, kama site naanị n'aka Jisọs Krasit. O! lee ka ọ dị oke ọnụ-ahia bụ amamihe nka nye Luther! Ọ bụ ihe dị oke ọnụ-ahia nye ya bụ ihè ọhụụ nka nke wakwasịrị nghọta ya gbara itiri, nke chụpụkwara ịsụ ngọngọ ya niile, dịkwa elu karị akù niile nke elu ụwà. Okwu Chineke diwakwara ọhụụ. Ihe niile ka a gbanwekwara. Akwụkwọ ahụ nke ọ tụworo ụjọ ya n'ihi na ọ hụghị ima-mm'ọbụla n'ime ya, bụrụ ndụ. Ndu n'ezie nye ya. Ọ bụkwara ọñụ nye ya, bụrụkwa nkasi-obi ya, na onye ozizi ya a gọziri agọzi.

Ọ dighịkwa ihe pụrụ ime ka ọ rapụ imụ ya. Ọ tụwori egwu ọnwụ; ma ka ọ na agụ okwu Chineke ahụ, ihe egwu niile pụrụ ya n'anya, o wee nwee nmasị n'agwa Chineke, ma hụkwa ya n'anya. O nyochkwara okwu Chineke n'onwe ya. O rijukwara afo site n'iba-ụba nke ihe ọma jupụtara n'ime ya, mgbe ahụ o wee nyochaakwa ya n'ihi nzukọ. Ike gwụrụ ya nke ukuu banyere nmehie niile nke ndị ahụ ọ tụkwasiworo obi n'ihi nzọpụta. Ọ hụrụ ọtụtụ ndị e kpudeworo n'ime ọchịchịri ahụ nke kpugidewọkwara ya onwe ya. O wee were ọnụ-ọkụ n'obi chọ ohere ọ g'eji tụrụ ha aka nwatụrụ nke Chineke, onye naanị ya na ebupu nmehie nke ụwà. O wee welie olu ya megide okwu ụgha niile na nmehie niile nke nzukọ Pop, n'achọsikwa ike idọbi ụdọ nke ọchịchịri ahụ nke jigidere nnụkuru nnụ madụ, n'emekwa ka ha tụkwasị obi n'ọlụ n'ihi nzọpụta. Ọ kpàrà ya nkpa inwe ike imehe ya na akọ-n'uche ha bụ ezi akụ n'ụba nke amara nke Chineke, na ima-mma nke nzọpụta enwetara site n'aka Jisọs Kraist. O jiri inụ-ọkụ n'obi welie olu elu, ma sitekwa n'ike nke Mụo-nsọ, n'etikwa mkpu megide nmehie niile nke ndị ndu nke nzukọ; ma ka o zutere oke-ifufe nke ima aka n'iru nke ndị nchụ-àjà, nkwam'ike ya a daghịkwa; n'ihi na ọ dabere n'aka dị ike

nke Chineke, ma nweekwa ntụkwasị-obi sịrị ike na ya rue nmeri. Ọbụna mgbe ọ n'ebu agha ahụ n'agaru nsọ, iwe ndị nchụ-aja kpaliri megide ya. Ha a chọghịkwa ka e wụgharia ha. Ọchịchọ ha bụ inọgide na ndụ dị mfe, n'ime ihe ụtọ, na ajụọ-omume. Ha chọro ka nzukọ nọgide n'ọchịchịri.

A hụrụ m na Luther nwere ọnụ-ọkụ n'obi, nwekwa nkwụwà-okwu, n'adighị atụ ụjọ ịta nmehie ụta, n'agbakwara ezi-okwu ahụ àmà. O leghị ndị nmebi-iwu na ndị mụọ-ọjọọ anya n'iru. Ọ matara na o nwere otu onye nọyeere ya nke dị ukuu karị ha niile. Luther nwere ire-ọkụ, ọnụ-oku nke obi, ike na agbazara-anya, n'agabigakwa oke na oge ụfọdụ; ma Chineke kpọlitere Melancthọn, onye agwa ya dị iche, ka onyere Luther aka, n'iburu ọlụ nke nmegharị ihe ahụ n'aga n'iru. Melancthon dị nwayo, n'atụ ụjọ dịkwa nkpacharanya ma nwekwa oke obi-ndidi. Ọ bụ onye Chineke hụrụ n'anya nke ukuu. O nwere amamihe nke akwụkwọ-nsọ ri nne, akọ-n'uche ya na izù ya makwara ezi mma. Ihụnanya o nwere n'ozi nke Chineke dịkwa ka nke Luther. Obi ndịa, ka Onyenwe-anyị dụkọtara otu; ha ghọrọ enyi nke n'adighị ekewa-ekewa. Luther bụụrụ onye inye-aka dị ukuu nke Melancthọn mbge ọ nọrọ n'ihe ọghọm nke ịtụ ụjọ na ọlịla-azu, ma Melancthọn bụkwaara onye inye-aka dị ukuu nke Luther n'igbochi ya ka ọ ghara ijekarị ngwa-ngwa n'omume ya. Nleru-anya nke Melancthọn na nkpacharanya ya ọtụtụ mgbe gbochiri nsogbu nke gaara emebi ihe, ma asi na a rapụrụ ọlụ ahụ naanị n'aka Luther; ma ọlụ ahụ kadakwa ri ọtụtụ mgbe, n'adighịkwa a ga n'iru ma asị na a rapụrụ ya naanị n'aka Melanchthon. E gosịrị m amamihe nke Chineke n'ihọrọ ndị ikom abụa ndịa, nke nwere agwa dị iche-iche iburu ọlụ nke nmegharị ihe a.

Mgbe ahụ e kuuru m laghachi azụ rue n'oge nke ndị-ozi, ma hụkwa na Chineke họọrọ dịka ndị na alụkọ ọlụ, Pita, onye nwere ọnụ-ọkụ n'obi siekwa ike na Jọn onye dị nwayo n'obi nwekwara ndịdi na obi dị ume-àlà. Mgbe ụfọdụ Pita n'enwe obi-oku. Ma onye ahụ a hụrụ n'anya n'abianyụ Pita mgbe omume gara-gara ya n'eduru ya gafee oke; kama nka tụgharighị omume ya. Kama mgbe Pita gọnarịsịrị Onyenwe-ya ma cheghariakwa, ma bụrụkwa onye e mere ka o chigharia, naanị ihe o chọrọ bụ ndụmọdụ dị nro site n'aka Jọn ịbianyụ omume ọkụ-ọkụ ya. Ozi nke Kraist gaara enwe nkpọchụ-iru ma a sị na a rapụrụ ya naanị n'aka Jọn. A chọkwara omume ọkụ-ọkụ nke Pita. Agbazara anya ya na ike ya napụtara ha ọtụtụ mgbe site na nsogbu, ma mechiekwa ndị iro ha ọnụ. Jọn n'emerikwa mgbe niile. O ritere ọtụtụ madụ n'uru nye Kraist site na ntachi-obi ya, nnagide na ịlụsi ọlụ ike ya.

Chineke kpọlitere ndị g'eti mkpu megide nmehie nke nzukọ Pop, ma burukwa ọlụ nmegharị ihea gaa n'iru. Ekwensu chọro ụzọ ịla ndị-àmà ndịa n'iyi; kama Chineke gbara ha ogige gburu-gburu. Ụfọdụ, n'ihi otuto nke áhà Ya, ka e kwere ka ha were ọbara ha ka ezi àmà ha gbara akara; kama ndị ikom ọzọ dị ike dịkwa , ndị dịka Luther na Melancthon, ndị gbalisịrị ike inye Chineke otuto site na ịdị ndụ na etisikwa nkpu ike megide nmehie niile nke ndị Pop, ndị nchụ-àjà na ndị-eze. Ha tụrụ egwu olu Luther. Site n'aka ndị ikom

ndịa a ropụtaworo, ihè malitere ịgbasasị ọchịchịri, ma ọtụtụ madụ ji obi-ụtọ nara ihè ahụ ma jekwa ije n'ime ya. Ma mgbe e gburu otu onye-àmà , ndị àmà abụa ọzọ m'ọbụ karị ka a kpolitekwara ịnọchi ọnọdụ ya.

Ma nka ejughị Ekwensu afo. Ọ pụrụ inwe ike megide naanị anụ-arụ. Ọ pụghị ime ndị kwere ekwe ka ha rapụ okwukwe na olileanya ha. Ọbụna n'ọnwụ ha n'emerikwa n'ihe nke olileanya ndụ anwụghị-anwụ na nbilite n'ọnwụ nke ndị ezi-omume. Ha nwererị ihe karịrị ike nke anụ-arụ. Ha adịghịkwa a rarụ ụra ọbụna otu oge. Ha n'ejikwa onwe ha n'ihe-agha nke ndị nke Kraist, n'ejikerekwa ọgụ, Ọ bụghị naanị ọgụ ha na ndị iro nke ime-mụọ, kama ọgụ ha na Ekwensu n'odịdị ụmụ madụ, ndị n'etiku ha mkpu mgbe niile, n'asi, rapụ nụ okwukwe unu m'ọbụ unu a nwụa. Ndị nke Kraist ole na ole ndịa siri-ike n'ime Chineke, ma dịkwa oke ọnụ-ahia n'anya ya karị ọkàrà ndị ụwà niile n'akpo áhà Kraist, ma bụrụ ndị n'atụ ụjọ n'ozi ya. Ọbụna mgbe a na akpagbu nzukọ, ha dịrị n'otu nwekwa ihụnanya. Ha sịrị ike n'ime Chineke. E nyeghị ndị nmehie ohere igwakọ onwe ha na nzukọ ahụ, ma onye nduhie ma onye a n'eduhie. Naanị ndị ahụ jikere irapụ ihe niile n'ihi Kraist pụrụ ibụ ndị n'eso ụzọ ya. Ha nwere nmasị ibu ogbenye, ndị e wedara n'àlà na ndị dịka Kraist.

Isi Nkɛ 21—Nzukọ Na Ụwà Dịkọrọ N'otu

Ekwensu wee nwe nzukọ ya na ndị mụọ-ozi ya, ha nọkwa n'ebe ahụ ma tulee ihe ha rịtaworo. Ọ bụ ezie na ha ejidewo nkpụrụ obi ụfọdụ site n'itụ ụjọ nke ọnwụ, ka ha ghara ịnara ezi-okwu ahụ; kama ọtụtụ, ọbụna n'ime ndị ụjọ, nabatara ezi-okwu ahụ, ma n'otu ntabi-anya ahụ ụjọ ha rapụrụ ha, na ọbụna mgbe ha hụrụ ọnwụ nke ụmụnna ha, ma hụkwa nnọgịdesike na ntachi-obi ha, ha matara na Chineke na ndị mụọ-ozi nyeere ha aka inagide ahụhụ dị otua, ha wee nwe anya-ike na nkwụwa-okwu karị. Ọbụna mgbe a kpọrọ ha inye ndụ nke ha, ha nọgidere n'okwukwe ha na ụdị ntachi-obi na nguzosike nke mere ka ndị n'egbu ha maa jijiji. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya kpebiri na ọ dị ụzọ ọzọ ha g'eji merie n'ila ọtụtụ nkpụrụ-obi n'iyi, bụ ụzọ nke g'ewe anya karị n'ikpeazu. Ha hụrụ na ọ bu ezie na ha na a kpatara ndị nke Kraist ịta-ahụhụ, kama nnọgịdesike ha na olileanya ahụ nke n'ewuli mụọ ha, n'eme ka ọbụna onye dakasịrị mba n'etiti ha dị ike, nke mere na ọdọ-nkwugbu m'ọbụ ọdọ-oku a digikwa eme ka obi ha daa mba.

Ha gbasoro nnagide dị nro nke Kraist mgbe ọ nọ n'iru ndị n'egbu ya, na ọtụtụ kwenyere ezi-okwu ahụ mgbe ha letara nnọgịdesike ha, na ebube Chineke nke nọgidere n'ime ha. Ekwensu kpebiri na ọ ghaghị ịbia n'ụzọ dịkarịrị nro. O meruwori ụkpụrụ nke akwụkwọ nsọ; ma omen'àlà ha ndị g'ebibi imerime madụ n'ewerekwa ọnọdụ dị omimi. O melatara mkpọrọmasị ya, ma kpebiekwa ime ka ndị ya ghara ị ga n'iru n'oke nkpagbu; kama duru nzukọ ị gbasi-mgba ike, ọ bụghị n'ihi okwukwe mbu ahụ e nyere n'aka ndị nsọ, kama, n'ihi omen'àlà ndị dị iche-iche. Dịka o duru nzukọ inaa iru-ọma na nsọpụrụ nke ụwà, site n'omume aghụghọ dịka ihe n'abara ha uru, o malitere itufu iru-ọma ya n'ebe Chineke nọ. Nzukọ jiri nwayọ-nwayọ tufue ike ya, ka a rapụrụ ikwupụta ezi-okwu ahụ niile nke megidere ndị hụrụ ihe ụtọ n'anya na enyi ndị ụwà.

Nzukọ a bụghịkwa ọgbakọ ndị pụrụ iche nke ọ bụworo mgbe a mụnyere ọkụ nke nkpagbu ahụ megide ya. Ole otu ọla-edo jiri dị inyoghị-inyoghị? Ole otu ola-edo ahụ a nụchara-anụcha jiri gbanwe? A hụrụ m na ọbụrụ na nzukọ nọgidesịrị ike n'ịdị nsọ na ịdị iche nke agwa ya, ike nke Mụo-nsọ nke e nyeworo ndị n'eso ụzọ ya g'anọgide kwa n'ime ya. Ndị ọria g'anata ọgwụgwọ, ndị mụọ-ọjọọ ka a g'abara mba ma chụpụkwa, ọ g'adikwa ukuu, bụrụkwa ihe egwu nye ndị-iro ya.

A hụrụ m na ọtụtụ igwe madụ kwenyere n'aha nke Kraist, kama Chineke a mataghị ha dịka ndị nke Ya. O nweghị ihe ụtọ n'ebe ha nọ. Ekwensu dika o nwere agwa nke okpuperechi, n'enwekwa nmasị ka ndị madụ n'eche na ha bụ ndị nke Kraist. O nwekwara nmasị n'ezie ka ha kwere na Jisọs, na ọnwụ nke obe a, na kwa nbilite n'ọnwụ ya. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya kwere nke ọma n'ihe ndịa niile n'onwe ha, ma kụja. Kam'ọbụrụ na okwukwe nka adighị akpali ọlụ-oma, ma durukwa ndị niile kwere ya ịgbaso ndụ nke iju ownwe-onye dịka Kraist, o sogbụghị ya m'oli; n'ihi na o bụ naanị áhà nke ndị nke Kraist ka ha n'aza, mgbe obi ha k'abu ihe nke anụ-arụ; na ọ pụrụ iji ha lụa ọlụ nke ya nke oma

karịa mgbe ha n'enyeghị onwe ha ndị kwere ekwe. N'okpụrụ áhà ndị nke kraist ka ha n'ezo nkwarụ niile ha. Ha n'eje ije n'ime ndụ nke anụ-arụ, ha adịghị emerikwa ajụọ-omume nile nke anụ-arụ. Nka n'enye ndị n'ekweghị-ekwe ohere iwere ezughị-oke niile ha tụkwasị n'iru Jisọs Kraist, na ịta ya ụta, na ime ka ndị niile nwere ọkpukperechi dị-ọcha n'emerụghịkwa emerụ bụrụ ndị a kpọrọ ihe efu.

Ndị n'eje ozi wee n'ekwusa ihe dị ụtọ na ntị ndị n'ebi ndụ nke anụ-arụ. Nka bụ dịka Ekwensu chọro ya. Ha a dighị anwa ikwusa Jisọs na ezi-okwu niile nke akwụkwọ nsọ; n'ihi na ọbụrụ na ha g'eme nka, ndịa niile kwere n'anụ-arụ a gaghị anụ ha. Ọtụtụ n'ime ha bara ọgaranya bụrụkwa ndị a n'achọsi-ike na nzukọ, ọ bụ ezie na ọnọdụ ha na nzukọ adịghị mma karị nke Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya. Okpukperechi nke Jisọs ka e mere ka ọ pụta ihè nwekwa nsọpụrụ n'anya ndị ụwà. E ziri ndị madụ na ndị niile nwere okpukperechi g'abụ ndị ụwà g'enye nsọpụrụ karị. Ozizi nka dị iche nke ukuu na ozizi nke Krasit. Ụkpụrụ ya na nke ụwà a pụghị ịdị n'udo. Ndị niile soro ya bụ ndị jụrụ ụwà. Ihe ụtọ ndịa malitere site na Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya.

Ọ bụ ha tụrụ ukpụrụ a, ma ndị kwere-ekwe n'anụ-aru e tinyewo ya nọlụ. Ndị iru-abụa na ndị nmehie batara ha na nzukọ wee dị n'otu. Akụkọ-oma ha dị iche-iche ka a n'akuzi bụrụkwa ihe a naara nke-ọma. Kama ọ bụrụ na a kuzie ezi-okwu ahụ na ozuzu-oke ya, ọ g'emechibido ndị iru-abụa na ndị nmehie.Kama ọdighị ihe dị iche n'etiti ndị sị na ha bụ ndị n'eso ụzọ Kraist na ndị ụwà. A hụrụ m na ọ bụrụ na a pụrụ itọpụ ihe nkpuchi ụgha ahụ n'ebe ndị nzukọ nọ, a g'ekpughe ọdịdị mmebi-iwu, ọrụrụ na mmerụ, nke nwa Chineke ọbụla kwesịrị ntụkwasị-obi n'agaghị atụ-nchichi ikpọ nmebi-iwu ndịa n'ezi-áhà ha, ụmụ nke nna ha, bụ Ekwensu; n'ihi na ọlụ ya niile ka ha n'alụ. Jisọs na ụsụụ nke ndị eluigwe niile legịdere ọnọdụ dị otua anya n'obi-mgbu; ma otu ọdị Chineke nwekwararị ozi nye nzukọ Ya nke dị nsọ dịkwa nkpa. Ọ bụrụ na a nara ya, ọ g'alụpụta nwụgharị ọhụụ zuru-oke n'ime nzukọ, wulitekwa ezi-àmà dị ndụ nke g'ewezuga ndị iru-abụa na ndị-nmehie, ma kpọghachikwa nzukọ ọzọ inweta iru-ọma n'ebe Chineke nọ.

Isi Nke 22—William Miller

Ahụrụ m na Chineke zigara mụọ-ozi ya ikwali obi nke otu onye ọlụ-ubi, onye n'adighị mgbe o kweworo n'akwukswo nsọ, ma duru ya inyocha okwu amụma niile. Ndị mụọ-ozi Chineke nọgidere ileta onye ahụ a rọpụtara, n'edukwa uche obi ya, ma meghekwa nghọta ya banyere amụma niile nke gbara itiri nye ndị nke Chineke. Nmalite nke iyagba ezi-okwu niile ka e nyere ya, e wee durukwa ya inyocha site n'otu nkeji okwu rue na nkeji ọzọ, rue mgbe o letara ihe itu-n'anya na ịdị mma nke okwu Chineke. Ọ hụrụ n'ime ya nkò nke jikọtara ezi-okwu n'ozuzu-oke. Okwu ahụ nke ọ hụworo dịka ihe n'esiteghị rị na Chineke, bụ nke na- emeghepụ anya ya ugbua n'ima mma na ebube. Ọ hụrụ na otu nkega nke akwụkwọ-nsọ na akọwakwa nkega ọzọ, ọbụna mgbe otu nkega mechiri emechi nye nghọta ya, ọ chọpụtara ihe n'akowa ya na nkega ọzọ nke okwu ahụ. O wee nara okwu Chineke site n'ọñụ na nsọpụrụ dị omimi na itu-egwu.

Ka ọ n'eso okwu amụma niile n'usoro usoro, o hụrụ na ndị bi n'ụwà n'adị ndụ ugbua n'oge ikpeazụ nke elu-ụwà, ma ha a mataghịkwa ya. O wee leba anya na nmetọ niile nke nzukọ dị iche-iche, wee hụ na ha e wezugawo ihụnanya ha n'ebe Jisọs nọ, ma tụkwasị ya n'elu ụwà, ha wee n'achọ nsọpụrụ nke ụwà karịa ichọ nsọpụrụ ahụ nke sitere n'elu bia; ọchịchọ nke akụ na ụba nke ụwà, kama ikpado akụ ha n'eluigwe. Ndụ iru-abụa, ọchịchịrị na ọnwụ ka ọ n'ahụ ebe niile. Ọnọdụa kpalirị mụọ ya nke ukuu. Chineke kpọrọ ya ka ọ rapụ ọlụ ubi ya, dịka a kpọrọ Elisha ka ọ rapụ ịnyịnya-ibu ya n'ogige nke ọlụ ya isoro Elijah. N'itụ egwu, William Miller malitere ịtọghepụ ihe omimi niile nke àlà-eze nke Chineke nye ụmụ madụ o nwetara ike site n'ime mgbali ya ọbụla. Ọ n'ekuru ndị madụ sitekwa n'okwu amụma niile rue n'oge nke ọbịbịa abụa nke Kraist. Dịka Jọn Baptist kwusara ọbịbịa mbụ nke Jisọs, ma doziekwa ụzọ ọbịbịa ya, otua kwa ka William Miller na ndị niile sonyere ya, kwusara ọbịbịa-abụa nke Ọkpara Chineke.

E kuuru m laghachi azụ rue n'oge nke ndị n'eso ụzọ Kraist, e wee gosi m Jọn onye a hụworo n'anya, na Chineke nwere ọlụ pụrụ-iche nye ya n'ọghaghị iluzu. Ekwensu gbalisịrị ike igbochi ọlụ a, ma durukwa ndị n'ejere ya ozi ịla Jọn n'iyi. Kama Chineke zigara mụọ-ozi Ya ma chekwa ya n'ụzọ dị ebube. Ndị niile hụrụ ike ukuu nke Chineke gosịrị na mgbapụta nke Jọn, tụrụ egwu, ọtụtụ madụ ka o wekwara anya na Chineke nọyere ya, na ọbụna àmà niile nke ọ gbara bayere Jisọs bụ ezi-okwu. Ndị ahụ niile chọworo ịla ndụ ya n'iyi tụrụ egwu iwepụ ndụ ya ọzọ, ma e kwere ka o nọgide n'ịta ahụhụ n'ihi Jisọs. E boro ya ebubo-ụgha site n'aka ndị iro ya, ma n'oge n'eteghị anya chụba kwa ya n'agwa-etiti madụ n'adighị, ebe Onyenwe-anyị zigara mụọ-ozi ya ka o kpugheere ya ihe ha ndị g'eme n'elu ụwà, na ọnọdụ nke nzukọ rue ọgwụgwụ; ọlịla-azụ ya, na ọnọdụ nke nzukọ g'anọ ma ọ bụrụ na ọ g'eme ihe dị Chineke ezi-mma, ma meriekwa n'ikpeazụ. Mụọ-ozi ahụ nke sitere n'eluigwe biakutere Jọn n'ịdị ukuu ya. Iru ya nwubigara oke site n'ebube nke eluigwe. O kpuheere Jọn ọnọdụ dị-omimi nke na akpalikwa mụọ banyere nzukọ nke

Chineke, ma wetakwa n'iru ya nsogbu dị oke egwu nke ha g'anagide. Jọn hụrụ ka ha gabigara oke ọnwụnwa dị iche-iche, ka a nụchakwara ha, ma bụrụkwa ndị meriri emeri n'ikpeazụ, ndị a zọpụtakwara baa n'ebube nke àlà-eze Chineke. Iru nke mụọ-ozi ahụ malitere igbu marà-márá n'ọñụ, n'enwebigakwa ebube oke, ka o n'egosi Jọn nmeri ikpeazụ nke nzukọ Chineke. E wezugara Jọn n'anụ-arụ mgbe o n'elegide nnapụta ikeazụ nke nzukọ, ma dịka ebube nke ọnọdụa buuru ya, sitekwa na nsọpụrụ dị omimi na itu-egwu, o wee daa n'ụkwụ-àlà mụọ-ozi ahụ ife ya ofufe. Mụọ-ozi ahụ kulitere ya n'otu mgbe ahụ, n'adụkwa ya ọdụ n'olu dị nwayọ, sị e mela nka, n'ihi na mụ-onwem bụkwa oru ibe gị nke n'esitekwa n'ime ụmụnna gị ndị nwere àmà nke Jisọs; kpọ isi-àlà nye Chineke; n'ihi na àmà nke Jisọs bụ mụọ nke amụma. Mgbe ahụ mụọ-ozi ahụ gosịrị Jọn obodo nke eluigwe na ịdị-mma ya niile na igbu marà-márá nke ebube ya. Jọn pụrụ n'anụ-arụ n'ihe iju-anya nke sitere n'oke ebube nke obodo ahụ. O chetaghị kwa ndụmọdụ mbụ mụọ-ozi ahụ nyere kama ọ dara ọzọ ife ofufe n'ụkwụ-àlà mụọ-ozi ahụ, onye dụkwara ya ọdụ ọzọ, n'olu dị nwayọ, hụkwa na i meghị nka; n'ihi na a bụ m oru ibe gị nke sitekwara n'ime ụmụnna gị ndị amụma, na ndị ahụ n'edebe okwu niile nke akwụkwọa; kpọ isi-àlà nye Chineke gị.

Ndị-ozizi na ọtụtụ ndị madụ n'eleta akwụkwọ nkpuhe dịka ihe n'adighị aghọta-aghọta nke n'adighịkwa mkpa karị nkega ndị ọzọ n'akwụkwọ nsọ. Kama a hụrụ m na akwụkwọ nka n'ezie bụ nkpuhe e kpuhere n'ezie ịba-uru n'ụzọ pụrụ iche nye ndị g'ebi ndụ n'oge ikpeazu, nduzi ha ka ha mara ọnọdụ ha, na ọlụ dịrị ha. Chineke duuru uche William Miller banye n'ime okwu amụma niile, ma nyekwa ya ihè dị ukuu n'akwụkwọ nkpuhe.

Ọ bụrụ na a ghọtara ọhụụ niile nke Daniel, ndị madụ g'aghọtakwa ọhụụ nile nke Jọn nke ọma. Ma, n'oge kacha mma, Chineke kpaliri oru ya Ọ rọpụtara onye sitere nụzọ were anya na n'ike nke Mụo-nsọ, kpuhee amụma niile ndịa, ma gosikwa nkwekọrịta nke ọhụụ niile nke Daniel na nke Jọn, na nkega ọzọ niile nke akwụkwọ nsọ, ma kpọdata n'ime obi ụmụ madụ bụ okwu ndumọdụ niile ndịa dị nsọ dịkwa egwu, ime njikere n'ihi ọbịbịa nke nwa nke madụ. Ncheghari dị omimi dịkwa nro bara n'uche ndị niile nụrụ olu ya, ọbụna ndị-ozi, ndị nmehie na ndị na ekweghị ekwe, chigharikutere Onyenwe-anyị, n'ime nkwado iguzoro nụbọchị ikpe.

Ndị mụọ-ozi nke Chineke soro William Miller n'ozi ya. O guzosịrị-ike n'enweghị obi-abụa. O zisara ozi e nyere ya n'aka n'atụghị egwu. Ụwà nke tọgbọrọ na nmebi-iwu, na nzukọ jupụtara n'ihe nke ụwà na ọjujur'oyi, bụ ihe ndị zuru oke ikpali ọlụ ya n'ike, na ị duru ya ị ji obi ya niile nagide ọlụ a, na nhụju-anya ya niile. Ọ bụ ezie na ndị kpọrọ onwe ha ndị nke Kraist na ndị ụwà n'emegide ya, tinyekwara nsogbu niile nke Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya, ma ọ kwụsighị ikwusa ozi-oma ebighị-ebi ahụ nye igwe-madụ dị iche-iche ebe ọbụla a kpọrọ ya, n'etikukwa mkpu ahụ, tụa-egwu Chineke ma nyekwa ya otuto; n'ihi na oge-awa nke ikpe Ya a biawo.

Isi Nkɛ 23—Ozi Mụọ- ozi Nkɛ Mbụ Ahụ

Ahụrụ m na Chineke nọọrọ n'ime nkwupụta nke oge ahụ na 1843. Ọ bụụrụ ọchịchọ ya ikpote ndị madụ, ma kpọrọ ha biarue ọnọdụ nwale ebe ha g'enwe nkpebi. Ndị n'eje ozi nwetara ojuju afọ ma kwenye kwa izi-ezi nke ọnọdụ e nyere oge amụma ndịa, na ha rapụrụ nganga ha, ụgwọ ọnwa ha, na nzukọ ha dị iche-iche, iga-n'iru site n'otu ebe rue ebe ọzọ n'ekwusa ozi ahụ. Ma dịka ozi ahụ nke sitere n'eluigwe pụrụ iwere ọnọdụ n'obi naanị nkpụrụ madụ ole na ole kpọrọ onwe ha ndị n'ejere Kraist ozi, e bọkwasịrị ọlụ ahụ n'isi ọtụtụ n'abụghị ndị ozizi. Ụfọdụ rapụrụ ọlụ-aka ha ikwusa ozi ahụ, ebe akpọkwara ndị-ọzọ site n'ụlọ-ahia ha dị iche-iche. Ọbụna ụfọdụ ndị ọkachamara ka a rụgịdere irapụ ọlụ-aka ha ma tinye aka n'ime ọlụ mbụ ahụ. Ndị n'eje ozi tọgbọrọ amamihe nke ọzụzụ ha na nchekube ha, ma jikọta aka n'otu ikwusa ọbịbịa nke Jisọs. A kwaliri ndị madụ ebe ọbụla ozi a ruru ha. Ndị nmehie chegharịrị, kwaa akwa ma kpeekwa ekpere n'ihi ngbaghara nmehie, ma ndị niile a matara dịka ndị n'ebi ndụ aghụghọ, nwetara ọnụ-ọkụ n'obi ikwụghachi ihe ndị ha nwetara n'ụzọ n'adịghị mma.

Ndị nne na nna nwetara nmetụta dị omimi banyere ọdị-mma nke ụmụ ha. Ndị niile natara ozi ahụ, lụrụ ọlụ n'ebe ndị enyi na ndị arụ ha na ak'echegharịghị nọ, ma dịka ibu-arụ nke nkpụrụ-obi site na ozi ahụ dị nro, ha dọsịrị ha aka na ntị ike n'arịọkwasị ha ka ha jikere n'ihi ọbịbịa Nwa nke madụ. Ndịa bụ ndị sikarịrị ike na adịghị e kwenyere oke ihe ngosi dị otua e mere ka o rute ha site n'idọ aka na ntị ndịa dị nkpa. Ọlụ-nsacha nkpụrụ-obi a wezugara nmasị n'ihe nke ụwà, rue n'odịdo nsọ nke n'ahụghị ọdịdị ya mbu. Nnụkuru nnụ madụ ka e duru ị mara ezi-okwu ahụ nke William Miller kwusara, a kpọlietekwara ọtụtụ ndị otu nke Chineke na mụọ na ike nke Elaija ikwusa ozi ahụ. Ndị niile kwusara ozi a dị nro dịka Jọn onye o dozi ụzọ nke Jisọs, ka a rụgịdere itinye anyụ-ike na nkpọrọgwụ nke osisi, ma kpokue ụmụ madụ ka ha mịpụta ezi-nkpụrụ dịrị nchegharị. Ọgbụgba-àmà ha ka a haziri ịkpali na inwe nhuku sịrị-ike na nzukọ dị iche-iche, ma gosipụtakwa agwa ha ka o si dị. Ma dịka ha n'eti nkpu nke ịdọ aka na ntị ahụ dị nro ka a gbanarị iwe ahụ nke gaje ịbịa, ọtụtụ ndị jikọrọ-aka na nzukọ ndịa natara ozi nke ọgwụgwọ nsọ ahụ; ha hụtara ndala-azụ ha dị iche-iche, ma, sitekwa n'anya-miri dị-ilu nke nchegharị, na iri-uju nke obi, wedata onwe ha àlà n'iru Chineke. Ma dịka Mụo-nsọ Chineke dakwasirị ha, ha nyere aka n'iti-mkpu ahụ, Tụa egwu Chineke, ma nyekwa ya otuto, n'ihi na oge-awa nke ikpe Ya abiawo.

Nkwusa banyere otu oge were anya kpatara nmegide site n'akụkụ niile nke ndị madụ, site na ndị n'eje ozi n'isi-oche, rue n'aka ndị nmehie anya-ike, na ndị n'atu eluigwe aka n'iru. Ọdighị madụ matara ụbọchị na awa ahụ, nka bụ naanị ihe a na anị site n'ọnụ onye ozi iru-abụa na n'ọnụ ndị njakịrị anya-ike. Ụdị madụ ndịa abụghị ndị a pụrụ ịkuzi ihe ma dozie kwa ha olu ụzọ e si e were okwu ndịa mee ihe site n'aka ndị ahụ n'atu aka afọ mgbe ha kweyere na oge amụma ndịa g'agabiga, na ihe iribama niile gosịrị ịdị nso nke Kraist,

ọbụna n'ọnụ ụzọ. Ọtụtụ ndị ọzụzụ igwe-atụrụ, ndị n'asị na ha hụrụ Jisọs n'anya, kwuru na ha adighị emegide nkwusa nke ọbịbịa Kraist; kama ha ekwenyeghị na nmawapụta nke oge ya. Anya Chineke nke n'ahụzu ihe niile nyochara àlà-àlà obi ha. Ha ahụghị Jisọs n'anya m'ọli. Ha matara na ndu e kweghị-ekwe ha a pụghị inagide nwale a; n'ihi na ha a dighị eje ije n'ụzọ nweda àlà nke ya onwe ya tụrụ nto-àlà ya. Ndị ọzụzụ-atụrụ ụgha ndịa nọchiri n'ụzọ nke ọlụ nke Chineke. Ezi-okwu ahụ nke e kwupụtara n'ike nye ndị madụ kwaliri ha, ma dịka onye isi ụlọ-nkpọrọ ahụ, ha malitere iju si; Gịni ka m g'eme ka e we zọpụta m? Kama ndị ọzụzụ-atụrụ ndịa batara n'etiti ezi-okwu ahụ na ndị madụ, ma n'ekwusakwa okwu ire-ụtọ ha dị iche-iche iduru ha pụa n'ezi okwu ahụ; ha jikọrọ-aka n'otu ha na Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya, n'etikwa, udo, udo, mgbe udo n'adighị. A hụrụ m na ndị mụọ-ozi nke Chineke ribara àmà ihe ndịa niile na ihe ngbokwasị ndị ọzụzụ atụrụ ndịa n'edoghị nsọ ka e kpuchiri site n'ọbara ọtụtụ nkpụrụ obi. Ndị niile hụrụ ahụ-udo n'anya, nwekwa ojuju afọ n'ime ọnọdụ ha dị anya n'ebe Chineke nọ, agaghị enweta nkwali site na nchekwa ndụ nke anụ-arụ ha.

Ọtụtụ ndị na eje ozi agaghị a nara ozi nzọpụta nka n'onwe ha, ma ndị niile g'anara ya, ka ha na egbochikwa. Ọbara nke ọtụtụ nkpụrụ-obi dị n'isi ha. Ndị ozizi na ndị madụ ọzọ ha jikọrọ aka imegide ozi a si n'eluigwe. Ha kpagburu William Miller, na ndị niile ya na ha jikọrọ-aka n'ọlụ ahụ. Okwu-ụgha dị iche-iche ka a gbasara iji mebie nhuku ya, ma n'oge dị iche-iche mgbe o kwupụtasịrị okwu ndụmọdụ Chineke, n'ụzọ were anya, n'etinye ezi-okwu ndịa n'adụwà adụwà n'obi ndị n'ege ya ntị, oke iwe ka a kpasuru megide ya, ma dịka ọ rapụrụ ogige ọgbakọ ahụ, ụfọdụ na echere ya n'ụzọ iwepụ ndụ ya. Kama ndị mụọ-ozi nke Chineke ka e zigara ichekwa ndụ ya, ha n'edurukwa ya n'udo pụa n'etiti igwe madụ ahụ n'eme ọgb'aghara n'iwe. N'ihi na ọlụ ya a kagwụghị.

Ndị sịrị ike n'okwukwe ji obi-ụtọ nara ozi ahụ; ha matara na o sitere na Chineke, na e nyekwara ya n'oge kwesịrị ekwesi. Ndị mụọ-ozi jikwa nmasị dị omimi n'ele nlụpụta nke ozi eluigwe ahụ, ma mgbe nzukọ dị iche-iche chigharịrị ma jụkwa ya, ha sitekwara n'obi-ilu wee kọsara Jisọs. Ọ tụgharịrị iru ya site n'ebe nzukọ ndịa nọ, ma gwa ndị mụọ-ozi ya ka ha nọgide na nche n'ebe nkpụrụ-obi ndịa dị nkpa nọ bụ ndị n'ajughị ezi-àmà ahụ, n'ihi na ihè ọzọ ga amụnyekwara ha.

A hụrụ m na ọbụrụ na ndị sị na ha bụ ndị nke Kraist hụrụ ọbịbịa nke Onye-nzọpụta ha n'anya, ọ bụrụkwa na ha tụkwasịrị ya obi ha, ọ bụrukwa na o metụrụ ha n'uche na ọ dighị onye ọbụla n'elu ụwà a pụrụ iji tụnyere ya, ha ka e jiwo ri ọñụ nara ozi mbụ ha nụrụ banyere ọbịbịa ya. Kama e nweghị-nmasị nke ha gosipụtara, mgbe ha nụrụ banyere ọbịbịa nke Onyenwe ha, bụ ihe ngosi were anya na ha a hụghị ya nanya. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ñụrịrị, ma tụa kwa ya n'iru Jisọs Kraist na ndị mụọ-ozi ya dị nsọ, na ndị sị na ha bụ ndị nke ya ahụghị Jisọs n'anya nke ha ikwe na ọbịbịa ya nke ugbo abụa.

A hụrụ m ndị nke Chineke, n'ọñụ n'ime olileanya, n'echere Onyenwe ha. Ma Chineke chọrọ inwapụta ha. Aka ya kpuchiri nmejọ-ihe nke emere na ngbakọ nke oge amụma ha. Ndị niile n'ele anya onyenwe ha a chọpụtaghị ya, ọbụna ndị ọka-nmụta ndị kwuru megide oge ahụ e letaghịkwa nmejọ ihe ahụ. Chineke kwere ka ọ dị otua na ndị ya g'ezute nkpọchụ-iru. Oge ahụ gafere, ma ndị niile nwere ọñụ n'echere onye-nzọpụta ha nwetara obi-ilu na ida-mba, mgbe ndị ahụ n'ahụghị ọbịbịa Jisọs n'anya, kama nakwere ozi ahụ site n'ụjọ, nwere obi-ụtọ na ọ biaghị n'oge ahụ e lere anya ya. Nkwenye ha e metutaghị obi ha ma mee ka ndụ ha dị ọcha. A gbakọrọ oge ahụ n'agafe nke ọma ka-ekpuhee ụdi obi ndịa. Ọ bụkwa ha bụ ndị mbụ tụgharịrị ime ndịa nwere nkpọchụ-iru na eri-uju ihe ọchị, bụ ndị hụrụ ọbịbịa nke onye-nzọpụta ha n'anya n'ezie. A hụrụ m amamihe nke Chineke n'inwapụta ndị nke ya, na enyekwa ha nnyocha na nwale ichọpụta ndị g'ada ma laghachikwa azụ n'oge nke ọnwụnwa.

Jisọs na ụsụụ ndị eluigwe niile ji obi-ahizi na ihụnanya legịde ndị ahụ jiri obi-ụtọ chere ihụ ya bụ onye nkpụrụ obi ha hụrụ n'anya. Ndị mụọ-ozi na erụgharikwa gburu-gburu ha, ịgba ha ume n'oge nke ọnwụnwa ha. Ndị niile juworo inara ozi nke eluigwe ahụ ka a rapụrụ n'ọchịchịri, ma iwe nke Chineke bilikwara megide ha, n'ihi na ha a naraghị ihe o ziteere ha site n'eluigwe. Ndị ahụ kwesịrị ntụkwasi-obi, nwetakwara nkpọchụ-iru ahụ, ndị na aghọtaghịkwa ihe mere Onyenwe ha abiaghị, a rapụghịkwa ha n'ọchịchịri. E dukwara ha ọzọ laghachi n'akwụkwọ-nsọ ha inyochakwa oge amụma ndịa. E wepụrụ aka nke Onyenwe-anyị site n'ihe ngbako ndịa, e we kọwa nmejọ ihe ahụ. Ha hụrụ na oge nke amụma ahụ rutere na 1844, na ọbụna otu ihe ngosipụta ahụ nke ha wepụtaworo iji gosi na oge amụma ndịa mechiri na 1843, gosikwara na ha g'akwusị na 1844. Ihè nke sitere n'okwu Chineke mụnyere n'ọnọdụ ha, ha wee chọpụta kwa oge nke nchere. - Ọ bụrụ na ọhụụ ahụ n'anọ ọdụ, chere ya. N'ime ihụnanya ha banyere ọbịbịa Jisọs n'oge ahụ, e legharawo ha nchere-oge nke ọhụụ ahụ anya nke a gụkọrọ iji mee ka ndị n'ele anya ya n'ezie pụta ihe. Ọzọkwa ha nweworo oge a hụrụ mma. Ma a hụru m na ọtụtụ n'ime ha e tofeghị oke nkpọchụ-iru ha inweta ụdị ọnụ-oku nke obi na ike ahụ nke e ji mara okwukwe ha na 1843.

Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ñụrịrị ọñụ nmeri, ma ndị ahụ kwa bụ ndị na a naraghị ozi ahụ, jara onwe ha n'ihi nleru-anya ha dị ukuu na amamihe ha na a nakwereghị nduhie ahụ, dịka ha kpọrọ ya. Ha a mataghị na ọ bụ ndụmọdụ nke Chineke ka ha n'ajụ megide onwe ha, na ha n'alụkọ ọlụ n'otu ha na Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ime ka ndị nke Chineke nwe mgbagwoju-anya bụ ndị n'ebi ndụ n'ime ozi nke sitere n'eluigwe.

Ndị kwere n'ozi a nwetara nkpagbu n'ime nzukọ. Ụjọ jidere ha na nwoge, nke mere ha alụghịkwa ọlụ nke obi rụtụrụ ha ịlụ, kama ngafe nke oge kpuhere nzube niile nke obi ha. Ha chọrọ ikpuchi àmà ahụ nke ndị kwere-ekwe nwere nrụgide ikwusa, na oge nke amụma ahụ rutere 1844. N'ụzọ were anya ha kọwara nmejọ ihe ha, ma nyekwa nkọwa ihe mere ha jiri lee anya onye nwe ha na 1844. Ndị nkwugide a pụghịkwa iweta osi-agụgọ ọbụla ọzọ megide nkọwa ndịa dị ike e nyere. Iwe nke nzukọ bilitere megide ha. Ha kpebiri

ijụ ihe-ngosi ọbụla na imechibido àmà ha niile ọbụla na nzukọ, ka ndị ọzọ ghara inụ ya. Ndị niile n'agaghị arapụ inye ndị ọzọ ihè nke Chineke nyere ha, ka a chụpụrụ site na nzukọ; kama Jisọs nọyere ha, na ha nwere ọñụ n'ime ihè nke iru ya. Ha jikekwaara inara ozi mụọ-ozi nke abụa.

Isi Nkɛ 24—Ozi Mụọ-ozi Nkɛ Abụa Ahụ

NZukọ ndịa a chọghị inara ihè nke ozi mụọ nke mbụ ahụ, ma dịka ha jụrụ ihè ahụ nke sitere n'eluigwe ha dapụrụ site n'iru-ọma nke Chineke. Ha tụkwasịrị obi n'ike nke onwe ha, ma site n'imegịde ozi nke mbụ, ha dotere onwe ha n'ọnọdụ ha n'apụghị ihụta ihè nke sitere n'ozi mụọ-ozi nke abụa. Kama ndị niile Chineke hụrụ n'anya, ndị a n'akpagbu, zara ọkpụkpọ-oku nke ozi ahụ, Babilon adawo, ha wee rapụ nzukọ ndị ahụ dárá-ada.

Mgbe ozi mụọ-ozi nke abụa ahụ n'emechi, a hụrụ m ihè ukuu sitere n'eluigwe n'awakwasị ndị nke Chineke. Ihè a n' achawapụtakwa dịka nke anyanwụ. M wee nụkwa olu nke ndị mụọ-ozi ka ha n'eti, Lee Onye n'alụ nwụnye ọhụụ na a bia, pụa nụ zute ya!

Mkpu nke etiti-abali ahụ ka e nyere ka o tinye ume n'ozi mụọ-ozi nke abụa ahụ. E zipụrụ ndị mụọ-ozi sitere n'eluigwe ikpọte ndị nsọ ndị dara-mba n'obi, na ijikere ha n'ihi ọlụ ukuu ahụ chere ha n'iru. Ndị nwere amamihe karị abụghịkwa ndị mbụ natara ozi nka. E ziri ndị mụọ-ozi ijekuru ndị wedara onwe ha n'àlà, dịkwa ike n'okwukwe, ma rugidekwa ha itisi mkpu ahụ ike, Lee ka Onye n'alụ nwụnye ọhụụ n'abia, pụa nụ izute ya. Ndị ahụ niile e nyere iti-mkpu ahụ n'aka mere ngwa-ngwa, ma sitekwa n'ike nke Mụo-nsọ, wee gbasa mkpu ahụ, ma kwalie kwa ụmụ-nna ha ndị dara-mba n'obi. Iti-mkpu nka e guzoghị n'amamihe na nmụta nke ụmụ madụ, kama nike nke Chineke, na ọbụna ndị-nsọ ya niile ndị nụrụ nkpua arapụghịkwa ya. Ndị niile karị ike na ndụ nke ime-mụọ bụ ụzọ nata ozia, ma ndị niile n'edu edu n'ọlụa n'oge gara aga bụ ndị ikpeazu natara ya wee nyekwa aka imụba ụda mkpu ahụ, Lee Onye n'alụ nwụnye ọhụụ n'abia, pụa nụ izute ya.

Nakụkụ àlà niile, e nyere ihe banyere ozi mụọ-ozi nke abụa ahụ, ma mkpu ahụ n'agbawekwa obi nnụkuru-nnụ madụ. O jere site n'obodo rue n'obodo, sitekwa n'ebe obibi rue n'ebe obibi, ọbụna ruekwa mgbe a kwalisịrị ndị nke Chineke niile n'echere oge ahụ. Ọtụtụ e kweghịkwa ka ozi nka banye na nzukọ ha, ma igwe ọgbakọ ndị nwere àmà ahụ dị ndụ n'ime onwe ha rapụrụ nzukọ ndịa dárá-ada. Ọlụ ukuu ka a luzuru site na mkpu etiti-abalị ahụ. Ozi ya bụ ozi nke n'enyocha obi, ma durukwa ndị kwere na ya ichọsi omume ya ike n'onwe ha. Ha matara na ọ dighị mgbe ha pụrụ idabere n'arụ ibe ha.

Ndị nsọ ahụ niile jiri ọnụ-okụ n'obi chere onyenwe ha site kwa n'obubu-ọnụ, iche-nche na inọgịdesike n'ekpere. Ọbụna ndị ajụọ-omume jikwa mgbafu-obi n'ele anya oge ahụ, mgbe ọ n'adị ka a kpasuru igwe mba imegịde ozi a ka ha n'egosipụta mụọ nke Ekwensu. Ha kwara emo na emekwa ihe-ọchị, ka a n'anụ ebe niile, ọ dighị onye ọbụla matara ụbọchị na awa ahụ. Ndị mụọ-ọjọọ na a ñurịkwa ọñụ nke nmeri gburu-gburu ha, n'arụgịdekwa ha imesi obi ha ike, na ijụ ihe ọbụla nke sitere n'eluigwe, ka ha wee jisie ha ike n'onya ha. Ọtụtụ kwupụtara na ha n'ele anya onyenwe ha, bụ ndị n'enweghịkwa oke n'okwu a. Ebube nke Chineke ha hụworo, nweda n'àlà na nguzosike nke ndị na echere, na ihe ngosipụta dị ukuu ndịa niile, mere ha ị si na ha natara ezi-okwu ahụ. Kama ha abụghị

ndị chegharịrị echegharị. Ha a nọghịkwa na njikere. Mụọ nke nnọgịdesike n'ekpere dị nro ka ndị nsọ nwetara ebe niile. Odido-nsọ dị nro na a dịkwara ha. Ndị mụọ-ozi nwere nmasị dị omimi e letawori nlụpụta ya, ma n'ebulikwa ndị niile natara ozi nke eluigwe ahụ elu, ma n'adopụtakwa ha site nihe niile nke ụwà ka ha nweta ihe nketa dị ukuu site n'isi iyi nke nzọpụta. Mgbe ahụ Chineke nakweere ndị nke ya niile. Jisọs lekwasikwara ha anya n'obi-ụtọ. Oyiyi ya pụtakwara ihè n'ime ha. A chụwọkwa ha àjà zuru oke, na odịdo nsọ niile, wee n'ele anya ka a gbanwe ha rue anwụghị-anwụ. Kama a kpadoro ha inweta kwa nkpọchụ-iru ọzọ dị-ilu. Oge nke ha n'echere, inweta nnapụta gafere. Ha nọgidekwara n'elu ụwà, ma ihe nlụpụta nke ọbụbụ-ọnụ a adighị apụta ihe karị. Ha a tukwasiwokwa uche ha niile n'eluigwe, ma sitekwa n'olileanya dị ụtọ, ha e detuwọkwa nzọpụta nke anwụghị-anwụ ire, ma olileanya ha e mezughị.

Ụjọ ahụ nke dakwasiworo ọtụtụ n'ime ụmụ madụ a pụghị n'otu mgbe ahụ. Ọ bụghị otu mgbe ahụ ka ha ñụrịrị ọñụ nmeri ha megide ndị ahụ nwere mkpọchụ-iru. Kama ebe nọdighị oke iwe nke Chineke a hụrụ anya ha natara, ụjọ ahụ ha nwere na mbụ rapụrụ ha, ha wee malitekwa ọchị ha, nkwamemo na njakịrị ha. Ndị nke Chineke ka e letakwara ọzọ, ma nwalekwa. Ụwà chịrị ọchị, kwaa emo, ma taakwa ha ụta; ma ndịa niile kweworo n'enweghị obi-abụa na Jisọs g'abia mgbe ahụ ikpọlite ndị nwụrụ-anwụ, ma gbanwekwa ndị nsọ dị ndụ, ma narakwa àlà-eze ahụ, ma nwerekwa ya ebighị-ebi, dịrị ka ndị n'eso ụzọ Kraist. Ha e wepụwo Onyenwem, na a mataghịkwa m ebe ha dotere Ya.

Isi Nkɛ 25—Ngosipụta Ndị N'ɛlɛ- Anya Ọbịbịa- Abụa Ahụ

Ahụrụ m ọnụ-ọgụgụ ọgbakọ dị iche-iche ndị dịka ụdọ kekọtara ha n'otu. Ọtụtụ n'ime ọgbakọ ndịa nọkwa n'ọchịchịri. Anya ha rudatara àlà n'ime ụwà, na ọ dighịkwa ihe yiri njikọta dị n'etiti ha na Jisọs. A hụrụ m madụ ndị gbasara n'ime ọgbakọ ndịa dị iche-iche ndị iru ha n'enwụ ihè, ndị n'ewerekwa anya ha lekwasi n'eluigwe. Ihè nke sitere na Jisọs, nke n'achapụtakwa dịka nke anyanwụ, n'adịnyerekwa ha. Otu mụọ-ozi wee gwa m ka m lezie anya nke ọma, m wee hu ka mụọ-ozi n'echegịde onye ọbụla n'ime ndịa niile nweworo nchawa nke ihè ahụ, mgbe ndị mụọ-ọjọọ gbakwara ndị ahụ niile nọ n'ọchịchịri gburu-gburu. A nụrụ m olu nke otu mụọ-ozi ka ọ n'eti, Tụa nụ egwu Chineke ma nyekwa ya otuto, n'ihi na oge-awa nke ikpe ya a biawo.

Ihè dị ebube nọkwasikwara n'isi ọgbakọ ndịa, imụnyere ndị niile g'anara ya. Ụfọdụ ndị nọkwa n'ọchịchịri natakwara ihè ahụ ma ñụriakwa; mgbe ndị ọzọ jụkwara ihè ahụ sitere n'eluigwe, n'asị na ọ bụ nduhie iji dufue ha. Ihè ahụ gabigara ha, e wee rapụ ha n'ọchịchịri. Ndị niile nataworo ihè ahụ sitere na Jisọs, jiri ọñụ narakwa iba-ụba nke ihè ahụ dị oke ọnụ-ahia a wakwasịrị ha. Iru ha nwupụrụ ihè, n'enwekwa ọñụ e doro nsọ, na mgbe iru ha chere n'ebe Jisọs nọ na nmasị dị ukuu, ka a nụkwara olu ha n'ịdị n'otu ha na olu nke mụọ-ozi ahụ, Tụa egwu Chineke ma nyekwa Ya otuto, n'ihi na oge-awa nke ikpe Ya a biawo. Ka ha n'etiku mkpu nka, a hụrụ m ndị ahụ nọ n'ọchịchịri ka ha n'akwa ha akụkụ na akwakwa ha ngụ. Mgbe ahụ ọtụtụ n'ime ndị ahụ hụrụ ihè-nsọ ahụ n'anya, dọbiri ụdọ ahụ tụhịkọrọ ha, ma pụa guzoro iche site n'ọgbakọ ndịa. Ma dịka ọtụtụ n'adọbi ụdọ ndịa kekọtara ha, ndị nọ n'ime ọgbakọ ndịa dị iche-iche, ndị ha n'asọpụrụkwa, jegharịrị n'ọgbakọ ndịa, ma ụfọdụ n'eji okwu ụtọ ha dị iche-iche, ma ndị ọzọ kwa n'eji anya-ụfụ na omume nke iyi-egwù, n'ekesikwa ụdọ ahụ ike bụ nke n'adọbi-adọbi, wee nọgịde mgbe niile n'asị, Chineke diyere anyị.

Anyị n'eguzo n'ihè. Anyị nwere ezi-okwu ahụ. A jụrụ m ndị madụ ndị ahụ bụ. A gwaram na ha bụ ndị na eje ozi, ndị n'edu edu, ndị juworo ihè ahụ n'onwe ha, ma ha a chọghịkwa ka ndị ọzọ nara ya. A hụrụ m ndị niile hụrụ ihè n'anya ka ha ji nmasị n'ele anya ma nwekwa ọchịchọ sịrị ike n'ihe dị n'elu, n'eche ka Jisọs bia kpọrọ ha nye onwe Ya. N'oge n'eteghị anya igwe oji gabigara n'isi ndịa niile ñụrịrị ọñụ n'ime ihè ahụ, ma iru ha gbarụrụ agbarụ. A jụrụ m ihe kpatara igwe oji nka. E gosịrị m na ọ bụ nkpọchụ-iru ha. Oge mgbe ha lere anya onye-nzọpụta ha a gafewori, ma Jisọs a biaghị. Obi ọlila-azụ dakwasịrị ha, ma ndị ahụ niile m hụworo na mbụ, bụ ndị ahụ n'eje ozi na ndị na edu-edu, ñụrịrị ọñụ. Ndị niile jụworo ihè ahụ, meriri nke ukuu, mgbe Ekwensu na ndị mụọ-ọjọọ ya gbara ha gburu-gburu n'ọñụ nke nmeri.

Mgbe ahụ m we nụ olu nke otu mụọ-ozi ọzọ, ka ọ n'asị, Babilon adawo! Ọ dawo! Ihè chawapụtara nye ndị ahụ n'ada mba, ma sitekwa n'ọchịchọ ha sịrị ike banyere ọbịbịa ya, ha legịdekwara anya ha ọzọ na Jisọs. Mgbe ahụ m wee hụ ọnụ-ọgụgụ ndị mụọ-ozi ọzọ ka ha nọ n'akparite ụka ha na mụọ-ozi nke abụa ahụ, onye tiworo mkpu, Bibilon adawo, ọ dawo, ma ndị mụọ-ozi ndịa weliri olu ha tikwasi nke mụọ-ozi nke abụa ahụ, wee tie-mkpu, lee onye ahụ nke n'alụ nwụnye ọhụụ ka ọ n'abia! Pụa nụ je zute ya! Ụda olu abụ nke ndị mụọ-ozi ndịa dịka o rutere ebe niile. Oke ihè ukuu nke dịkwa ebube chawara gburu-gburu ndị niile jidere ihèe ahụ nke e nyeworo ha. Iru ha n'enwụkwa site n'ịmabiga mma oke nke ebube, na ha niile sokọrọ ndị mụọ-ozi n'iti-mkpu ahụ, Lee, onye ahụ nke n'alụ nwụnye ọhụụ na abia! Ma dịka ha weliri olu ụtọ ha n'iti-mkpu ahụ n'etiti ọgbakọ ndịa dị iche-iche, ndịa niile jụrụ ihè ahụ, kwara ha aka, ma sitekwa n'anya ụfụ, kwa ha emo ma meekwa ha ihe-ọchị. Kama ndị mụọ-ozi nke Chineke gbasara nku ha n'ebe ndị a n'akpagbu nọ, mgbe Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nọ n'achọ ikwanye ọchịchịrị ha gburu-gburu, iduru ha ka ha jụ ihè ahụ nke sitere n'eluigwe.

Mgbe ahụ a nụrụ m olu nke n'asị ndị ahụ a kwara aka ma meekwa ihe-ọchị, si nụ n'ime ha pụta, ma e metụkwala ihe n'adịghị ọcha aka. Ọnụ-ọgụgụ buru ibu dọbiri ụdọ ahụ niile kekọtara ha, ma ha ñakwara nti n'olu ahụ, ma rapụ ndị ahụ nọdụrụ n'ime ọchịchịrị, wee bia dịrị n'otu ha na ndị ahụ dọbiworo ụdọ na mbụ, ha niile wee were ọñụ jikọta olu ha n'otu. A nụrụ m olu-ekpere nke sitere n'obi-mgbu site n'ọnụ madụ ole na ole ndị fọdụkwara n'ọgbakọ ndị ahụ nọ n'ọchịchịrị. Ndị n'eje ozi na ndị n'edu edu n'ejegharikwa n'ime ọgbakọ ndị a, n'ekesikwa ụdọ ndịa ike karị; kama a nọgịdikwara m n'anụ olu-ekpere a sịrị ike. Mgbe ahụ a hụrụ m ndịa nọgịdere n'ekpere ka ha tipụtara aka ha n'ihi enyemaka n'ebe ọgbakọ ahụ dị n'otu nke nwekwara onwe ha, nke n'añurịkwa n'ime Chineke. Ọziza nke sitere n'ebe ha nọ, ka ha n'elegịdesi anya ike n'eluigwe, ma na atụkwa aka n'elu, bụ, Si nụ n'ime ha pụta, nọrọkwa iche.

A hụrụ m madụ dị iche-iche ka ha n'agbasi mgba ike inwere onwe ha, ma n'ikpeazu ha dọbikwara ụdọ ahụ niile kegịdere ha. Ha gbara mgba megide ọlụ niile a lụrụ iji kesie udo ahụ ike, ha a ñ'aghịkwa ntị n'okwu nkwa niile ndịa, Chineke dinyere anyị, Anyị onwe-anyị nwere ezi-okwu ahụ. Madụ dị iche-iche nọgịdere n'arapụ nzukọ ahụ nọ n'ọchịchịrị, wee n'ejekuru nzukọ ahụ nke nwere onwe ha, ndị dịka ha nọ na mbara-ogige e weliri elu. Ha n'elegịde anya ha n'elu, ma ebube nke Chineke dịkwasikwara ha, ha wee tikue mkpu n'otuto nke Chineke. Ha dịwara n'otu, dịkwa ka e jiri ihè nke eluigwe gbaa ha gburu-gburu. Na gburu-gburu ọgbakọ nka bụkwa ndị biara site na nhụku nke ihè ahụ, kama ha abụghị ndị ha na ọgbakọ ahụ dị n'otu. Ndị niile natara ihè ahụ wakwasịrị ha ji nmasị dị ukuu n'elegịde anya n'elu. Jisọs lekwasikwara ha anya nke ihe ụtọ Ya. Ha lere anya ka Jisọs bia. Ha legịdere anya ọbịbịa Ya.

Ha eledaghịkwa anya ọbụla n'ụwà. Ọzọkwa a hụrụ m igwe oji ka ọ n'anọkwasi ndị ahụ n'echere. A hụrụ m ka ha tụgharịrị anya ha ike gwuworo wee leda n'àlà. M we jụa ihe

kpatara ngbanwe nka. Mụọ-ozi nke mụ na ya n'ejekọ wee si, ha e nwetawọkwa mkpọchụ-iru ọzọ n'olileanya ha. Jisọs apụghị ibia n'ụwà ugbua. Ha aghaghị ihụkwa ahụhụ ọzọ n'ihi Jisọs ma nagịdekwa ọnwụnwa ndị karịrị. Ha aghaghị ịrapụ ezighị-ezi niile na omen'àlà niile nke ha natara n'aka madụ, ma chigharịkute Chineke n'okwu ya n'ozuzu-oke. A ghaghị ime ka ha dị ọcha, bụrụkwa ndị a nụchara anụcha. Ma ndị niile nagịdere mkpagbu a dị ilu g'enweta nmeri ebighị-ebi.

Jisọs a biaghị n'ụwà mgbe ọgbakọ ahụ ji ọñụ n'echere ya, ihichapụ ebe nchụ-aja, site n'iji ọkụ mee ka elu-ụwà dị ọcha. A hụrụ m na ha meziri emezi na ngbakọ oge nke amụma niile. Oge nke amụma mechiri na 1844. Nmejo ihe ha gbanyere na a ghọtaghị ihe ebe nchụ-àjà ahụ bụ, na ooịdị nke nhicha ya. Jisọs banyere n'ebe nsọ nke kachasi ebe nsọ ihicha ebe nchụ-àjà n'ogwụgwụ nke ụbọchị ndịa. E legịdekwara m ọgbakọ ahụ n'echere, nke nwekwara mkpọchụ-iru. Ha nwere mgbarụ iru. Ha jiri mkpachara-anya nyochaa ihe-ngosi niile nke okwukwe ha, ma sorokwa mgbakọ nke oge niile nke amụma, ma ha a chọpụtaghịkwa nmejọ ihe ọbụla. Oge ka emezuworo, ma olee ebe onye-nzọpụta ha nọ? Ha etufuwo ya.

Mgbe ahụ e gosịrị m mkpọchụ-iru nke ndị n'eso ụzọ ya mgbe ha biaruru ili ahụ ma ha ahụghị arụ Jisọs. Meri wee si, e bupuwo ha onye nwem, ma a mataghịkwa m ebe ha tọgbọrọ Ya. Ndị mụọ-ozi gwara ndị n'eso ụzọ ya n'eri-uju na Onyenwe ha e biliwo, na o n'ebu ha ụzọ jerue Galili.

A hụrụ m na dịka Jisọs ledatara anya n'arụ ndịa nwetara nkpọchụ-iru site n'obi-ebereị dị omimi, o zigara ndị mụọ-ozi ya iduzi uche ha ka ha nwe ike chọta ya, ma sorokwa ya n'ebe ọ nọ; ka ha nwe ike ighọta na ụwà abụghị ebe nchụ-àjà ahụ; na ya onwe ya a ghaghị ibanye n'ebe nsọ kachasi ebe nsọ nke ebe nchụ-àjà nke eluigwe ihicha ya; ime udo pụrụ iche nye Izrel, na inara àlà-eze nke Nna ya, ma lọghachikwa n'ụwà ikpọrọ ha ka ya na ha biri mgbe ebighị-ebi. Mkpọchụ-iru nke ndị n'eso ụzọ ya nọchiri anya nke ọma, ụdị mkpọchụ-iru nke ndị ahụ lere anya onyenwe ha na 1844. E kuuru m laghachi azụ n'oge mgbe Kraist gbara ịnyịnya na nmeri wee banye n'ime Jerusalem. Ndị n'eso ụzọ ya na añụrị ọñụ kwenyere na Ọ g'ewere àlà-eze ahụ mgbe ahụ, ma chiakwa n'ụwà dịka eze. Ha sooro eze ha n'olileanya dị elu. Ha gbutusiri igu-nkwu hà mara mma, ma yipụkwa uwe ha, ma sitekwa n'obi ọñụ gbasaa ha n'okporo-ụzọ; ma ụfọdụ n'aga n'iru, ndị ọzọ n'esokwa n'azu n'eti mkpu, otuto dịrị nwa Devid! Ngọzi n'adịrị onye ahụ nke n'abia n'aha Onyenwe-anyị! Otuto n'ebe kachasị elu! Nkpali dị otua sogburu ndị Farisii, na ha chọrọ ka Jisọs bara ndị n'eso ụzọ ya mba. Kama ọ sịrị ha, Ọ bụrukwa na ndịa g'emechi ọnụ ha, ọbụna nkume g'etipụkwa mkpu. Okwuamụma nke Zekarịa 9:9, a ghaghị imezu, ma otu ọdị, a hụkwara m, na ndị n'eso ụzọ ya dabara na nkpọchụ-iru dị ilu. N'abali ole na ole ha sooro Jisọs jerue Kalvari, ma hụkwa ya ka Ọ n'awụsị ọbara n'ebe a hịkọtara ya n'elu obe ọjọọ ahụ. Ha hụrụ ọnwụ nhụju-anya ya, ma tọgbọkwa ya n'ili. Obi ha dakpuru n'ime iri-uju. Nzube ha niile adighị nke ọbụla mezuru m'oli. Olileanya ha sokọrọ Jisọs nwụa. Ma dịka o si na ndị nwụrụ-

anwụ bilie, ma pụtakwa ihè n'etiti ndị n'eso ụzọ ya n'eri-uju, olileanya ha tutekwara. Onyenwe ha e punariwo ha; ma ha a chọtawọkwa ya ọzọ.

A hụrụ m na mkpọchụ-iru nke ndị ahụ kweworo n'ọbịbịa nke Onyenwe-anyị na 1844, erughịkwa ka mkpọchụ-iru nke ndị n'eso ụzọ ya. Okwu nke amụma mezuru n'ozi nke mụọ-ozi nke mbụ na nke abụa. Enyere ha n'oge dị nma, ma luzuekwa ọlụ nke Chineke doziiri ha ịlụ.

Isi Nkɛ 26—Ihɛ Ngosi ọzọ

Egosịrị m nmasị nke ndị eluigwe niile nweworo n'ime ọlụ ahụ nke n'aga n'elu-ụwà. Jisọs rọpụtara otu mụọ-ozi sịrị ike dịkwa ukuu ka ọ rịdata ma dọọkwa ndị bi n'ụwà aka na ntị ka ha jikere maka ọbịbịa nke abụa Ya. A hụrụ m mụọ-ozi ukuu ahụ ka ọ rapụrụ iru Jisọs n'eluigwe. Ihè dị ebube na enwụbiga oke n'aga n'iru ụzọ ya. A gwara m na ọlụ ya bụ inye ụwà niile ihe site n'ebube ya, ma dọọkwa madụ aka na ntị banyere iwe nke Chineke n'abia. Igwe madụ natara ihè ahụ. Ụfọdụ na edere duu, mgbe ndị ọzọ na añụrị-ọñụ n'ejideghịkwa onwe ha. Ihè ahụ kaọo wụsaara ndị niile, kama ụfọdụ batara naanị site na nhụkụ nke ihè ahụ, ma ha ejighị obi ha nara ya. Kama ndị niile natara ya, tụgharịrị chee iru ha n'eluigwe, ma nyekwa Chineke otuto. Ọtụtụ madụ jupụtara n'oke iwe. Ndị n'eje ozi na ndị madụ jikọrọ aka ha na ndị-ọjọọ, ma megide ihè ahụ nke mụọ-ozi ukuu ahụ wụsara. Kama ndị niile natara ya wezugara onwe ha site n'ihe ụwà, ma bụrụkwa ndị e jikọrọ n'otu.

Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nọgịdekwara n'ọlụ n'achọ ịkpọrọ uche ndị niile ha nwere ike pụa nihe ahụ. Ọgbakọ ahụ nke jụrụ ya ka a rapụkwara n'ime ọchịchịrị. A hụrụ m mụọ-ozi ahụ ka o ji nmasị dị-omimi n'ele ndị niile kpọrọ onwe ha ụmụ Chineke, ka o wee dedata ọnọdụ omume ha, mgbe e kwupụtara ozi ahụ nke sitere n'eluigwe nye ha. Ma dịka ọtụtụ ndị sị na ha hụrụ Jisọs n'anya chigharịrị site n'ozi nke eluigwe ahụ, n'ewere nkwam'emo, njakịrị na ịkpọ-asị, otu mụọ-ozi nke n'ejidekwa akwụkwọ n'aka ya, dedatara omume ihere dị otua. Eluigwe niile jupụtara na ọnụma, n'ihi na ndị sị na ha n'eso Jisọs kparịrị ya.

A hụrụ m mkpọchụ-iru nke ndị ahụ kwesịrị ntụkwaasi -bi. Ha ahụghị onye nwe ha n'oge ha tụrụ anya ya. Ọ bụ nchekube Chineke izonarị ọdịn'iru, ma weta ndị ya na ọnọdụ mkpebi. Ọbụrụ na oge dịka nka a dịghị olu ahụ nke Chineke rọpụtara agaghị abụ ihe a luzuru. Ekwensu n'edu echiche nke ọtụtụ madụ rue ebe dị anya n'ọdị n'iru. Oge ọbụla nke e kwusara nye ọbịbịa nke Kraist aghaghị ikpọta uche madụ ịchọ ime nkwadebe siri-ike ugbua. Ka oge n'agafe, ndị niile na a k'anataghị ihe nke mụọ-ozi ahụ n'ozuzu-oke, jikọrọ onwe ha n'otu ha na ndị ledara ozi nke eluigwe ahụ anya, na ha niile wee tụgharia megide ndị ahụ nwetara mkpọchụ-iru n'emekwa ha ihe-ọchị. A hụrụ m ndị mụọ-ozi n'eluigwe ka ha na Jisọs n'erurite ụka. Ha e ribawọkwa àmà ọnọdụnke ndị n'eso ụzọ Kraist. Ngafe nke oge ahụ a hụrụ-mma anwapụtawokwa ha, ma imerime ha ka a tụrụ n'ihe ọtụtù ma chọpụta na ihe kọrọ n'ime ha. Ha niile weliri olu kwupụta na ha bụ ndị nke Kraist, kama ha dara n'iso Kraist ọbụna n'ụzọ niile. Ekwensu ñụrịrị-ọñụ nke nmeri n'ọnọdụ nke ndị kpọrọ onwe ha ndị n'eso ụzọ Kraist. O jiwo ha n'onya ya. O duruwokwa ndị ka n'ọnụ-ọgụgụ ịrapụ ụzọ ahụ guzoziri-eguzozi, ha wee n'anwa irigo eluigwe site n'ụzọ ọzọ. Ndị mụọ-ozi hụrụ ndị dị-ọcha, dịkwa nsọ, a gwakọtara n'etiti ndị nmehie na Zion, na onye iru-abụa ụwà hụrụ n'anya. Ha echegịdewokwa ndị hụrụ Jisọs n'anya n'ezie; ma nhụku nke ndị ajụọ-omume n'emetụta ndị nsọ.

Ndịa niile obi ha n'anu ọkụ, n'achọsikwa ike ihụ Jisọs, ka ndị sị na ha bụ ụmụnna ha n'okwukwe gbochiri ikwusa ọbịbịa nke Jisọs. Ndị mụọ-ozi lekwasịrị ọnọdụ niile ndịa anya, ma nwee obi ahizi n'ebe ndị fọdụrụ nọ, ndị hụrụ ọbịbịa Jisọs n'anya. Otu mụọ-ozi ukuu ọzọ ka e zipụrụ irịdata n'ụwà. Jisọs tụkwasịrị ihe odịde n'aka ya, ma dịka o biaruru n'ụwà, o tiri-mkpu, Babilon a dawo! Ọ dawo! Mgbe ahụ a hụrụ m ndịa niile nwere mkpọchụ-iru ka ha nwekwara iru-ọcha ọzọ, ma weliekwa anya ha lee eluigwe, legịdekwa site n'okwukwe na olileanya maka ọbịbịa nke onye nwe ha. Ma ọtụtụ dịka ha nọgịdere n'ọnọdụ iberibe, dịka ha nọ n'ụra; ma m n'ahụkwa ihe ngosi nke iri-uju dị-omimi n'iru ha. Ndị ahụ nwere nkpọchụ-iru hụrụ site n'akwụkwọ-nsọ na ha nọ n'oge nchere, na ha aghaghị iji ntachi-obi chere nmezu nke ọhụụ ahụ. Otu ihe ngosi ahụ nke duru ha ichere onyenwe ha na 1843, dukwara ha ile-anya ya na 1844. A hụrụ m na ndị ka n'ọnụ-ọgụgụ e nweghịkwa ume ahụ nke e jiri mara okwukwe ha na 1843. Mkpọchụ-iru ha e mewo ka okwukwe ha daa mba. Ma ka ndịa nwere mkpọchụ-iru jikọrọ aka n'iti-mkpu nke mụọ-ozi nke abụa ahụ, ụsụụ nke eluigwe legịdere anya site na nmasị dị-omimi, ma ribakwa àmà ihe nlụpụta nke ozi ahụ. Ha hụrụ ndịa niile zara áhà ndị nke Krasist ka ha tụgharịrị were njakịrị na nkwam'emo nọgịde ndị ahụ nwere mkpọchụ-iru. Ka okwu n'adapụ site n'ọnụ ndị nkwamemo ahụ, unu a kàlàghịkwa eluigwe rue ugbua! Mụọ-ozi dedakwara ha. Mụọ-ozi ahụ wee si, Chineke ka ha n'akwa emo.

A tụụrụ m aka laghachi azụ rue oge akpọọrọ Elaija laa na ndụ. Akwa ya dakwasịrị Elaisha, ma ụmụ nta agwa-ọjọọ (m'ọbụ ndị ntorobia) soro ya, n'akwa ya emo, n'etikwa nkpu si, Gafee, gị onye isi-nkwọcha! Gafee gị onye isi-nkwọcha! Ha kwara Chineke emo ma zutekwa ntaramahụhụ ha n'ebe ahụ. Ha mụtararị ihe ndịa site n'aka ndị mụrụ ha. Ma ndị niile kwara emo ma chiakwa ọchị n'echiche nke ndị nsọ ịla n'eluigwe, ka a g'eleta site na ihe otiti nke Chineke, ha g'amatakwa na ọ bụghị ntakịri ihe iji ya mee ihe egwuri-egwu.

Jisọs zigakwara ndị mụọ-ozi ọzọ ka ha fedata ngwa-ngwa itute na ịgba ndị ya ume n'okwukwe ha nke n'atalata-atalata, na ijikere ha ka ha ghọta ozi mụọ-ozi nke abụa ahụ, na ozi dị mkpa nke n'aghaghị ije n'eluigwe. Ahụru m ndị mụọ-ozi ndịa ka ha natara ike dị-ukuu na ihè site n'aka Jisọs, wee fedakwa ọsọsọ n'ụwà imejupụta ọlụ ha nke bụ inyere mụọ-ozi nke abụa ahụ aka n'ọlụ ya. Ihè ukuu chawakwasịrị ndị nke Chineke ka ndị mụọ-ozi ndịa n'eti, Lee onye n'alụ nwụnye ọhụụ n'abia, pụa nụ je zute ya. Mgbe ahụ a hụrụ m ndị ahụ nwere nkpọchụ-iru ka ha biliri, ma sitekwa na nkwekọrite nke olu ha na nke mụọ-ozi nke abụa ahụ, tie-mkpu, Lee onye n'alụ nwụnye ọhụụ ka ọ n'abia, pụa nụ je zute ya. Ihè nke sitere na ndị mụọ-ozi ndịa wakwasịrị ọchịchịri ebe ọbụla. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya chọro ụzọ ime ka ihè a ghara ịgbasa, na inwe nhụkụ kwesịrị-ekwesi. Hà màrà ndị mụọ-ozi nke Chineke mgba, ma gwakwa ha na Chineke duhiere ndị madụ, na ọbụna site na ihe ha niile na ike ha, na ha apughị ime ka ndị madụ kwenye na Jisọs na abia. Ndị mụọ-ozi nke Chineke gara n'iru nọlụ ha, ọ bụ ezie na Ekwensu gbara mgba itinye ọdachi n'ụzọ, ma dọpu uche ndị madụ site n'ihè ahụ. Ndị niile natara ya nwere obi-ụtọ. Ha lekwasịrị anya

ha n'eluigwe, ma nọgịdekwa n'ile anya-ọbịbịa nke Jisọs. Ụfọdụ nọkwara n'oke obi-mgbu, n'ikwa-akwa na ikpe ekpere. Anya ha dịka o lekwasịrị naru onwe ha, ha adighịkwa eweli anya ha elu.

Ihè dị oke ọnụ-ahia sitere n'eluigwe chụpụrụ ọchịchịri n'ebe ha nọ, ma anya ha, nke ha ji adighị ike tụkwasi n'onwe ha, ka ha weliri elu, mgbe obi ekele na ọñụ pụtara ihe n'aru ha niile. Jisọs na usuu niile nke eluigwe lere anya-ọma n'arụ ndị ahụ kwesịrị ntụkwasi obi, n'echerekwa.

Ndị ahụ jụrụ ma megịdekwa ihè nke ozi mụọ-ozi nke mbu ahụ, tufuru ihè nke abụa ahụ, nadighịkwa e rite uru nke ike n'ebube dị n'ime-ozi ahụ, Lee Onye n'alụ nwụnye ọhụụ na abia. Jisọs jiri mgbarụ-iru chigharia site n'ebe ha nọ. Ha kpaịrị ya ma jụkwa ya. Ndị niile natara ozi ahụ ka e kekọrọ n'ime ogịdi nke ebube. Ha chere-nche kpekwa ekpere imara uche nke Chineke. Ha tụrụ egwu nke ukuu imehie megide ya. A hụrụ m Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ka ha na achọ ikpuchi ihe ahụ zonari ya ndị nke Chineke; ma dịka ndị ahụ n'eche nọgidere n'ihe ahụ, ma weliekwa anya ha elu site n'ụwà na elekwasi Jisọs, Ekwensu apụghị inwe ike ọbụla igbochi ha inwe ihe nka dị oke ọnụ-ahia. Ozi ahụ nke e nyere site n'eluigwe kpasuru Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya iwe, na ndịa niile sị na ha hụrụ Jisọs n'anya, ma were ọbịbịa ya kpọrọ ihe-efu, kwaa emo ma meekwa ihe-ọchị n'ebe ndị kwesịrị ntụkwasi-obi nọ. Kama otu mụọ-ozi ribara àmà nke nkparị ọbụla, nleda ọbụla, na nkọcha ọbụla ha natara site n'aka ndị sị na ha bụ ụmụnna ha. Otutụ madụ weliri olu ha n'iti-mkpu ahụ, Lee Onye n'alu nwụnye ọhụụ ka ọ n'abia, ma rapụkwa umunna ha ndị nahụghị ọbịbịa nke Jisọs n'anya, ndị na achọghịkwa ka ha nọgide n'olileanya ọbịbịa ya nke abụa. A hụrụ m Jisọs ka o wezugara iru ya site n'ebe ndị ahụ juru ma lelia ọbịbịa ya anya, o wee gwa ndị mụọ-ozi ka ha duru ndị ya pua n'etiti ndịa nadighị ọcha, ka a ghara imeru ha.

Ndị niile ñara ntị n'ozi ahụ niile guzoro iche nwerekwa onwe ha ma dịkwa n'otu. Ihè dị nsọ mabigakwara mma oke wakwasịrị ha. Ha jụkwara ụwà, dọkapụkwa nkekọrịta ha na ya, ma chụakwa aja site n'ihe nmasị ha niile nke ụwà. Ha rapụrụ akụ nke ụwà ha ma nlegide anya ha niile chere iru n'eluigwe, na ele anya ihụ onye mgbapụta ha a hụrụ n'anya. Egedege iru ha nwupụrụ enwupụ site n'ọñụ e doro nsọ, nke kwupụtara ọnọdụ nke udo na ọñụ nke n'achi-achi n'ime ha. Jisọs gwara ndị mụọ-ozi ya ka ha ga gbaa ha ume, n'ihi na oge awa nke nkpagbu ha na abiaru nsọ. A hụrụ m na ndịa niile nọ na nchere a k'enwetaghị nkpagbu dịka ha n'aghaghị inwe. Ha a k'enwereghị onwe ha site n'ezighị -ezi. A hụkwara m ebere na ịdị mma nke Chineke n'iziga idọ-aka na ntị ahụ nye ndị bi n'ụwà, ma kwughachi ozi dị iche-iche ikpọlite ha rue otu oge, ka o wee duru ha rue ezi nnyocha nke onwe ha, ka ha wee yipu onwe ha pụa n'ezighị ezi niile nke e nyefere ha site n'aka ndị na ekpere arusi na ndị Pop. Site n'ozi ndịa Chineke n'akpọpụta ndị ya ebe o pụrụ iluru ha ọlụ n'ike dị ukuu karịa na n'ebe ha pụrụ idebe iwu ya niile.

Isi Nkɛ 27—Ebɛ-Nsọ Ahụ

Mgbe ahụ e gosịrị m mkpọchụ-iru ọjọọ ahụ nke ndị nke Chineke. Ha ahụghị Jisọs n'oge a tụrụ anya ya. Ha a mataghị ihe mere onye-nzọpụta ha abiaghị. Ha a hụghịkwa ihe ngosi ọbụla mere oge nke amụma jiri biarughị ọgwụgwụ. Otu mụọ-ozi wee si, ọ bụ na okwu Chineke a dawo? Ọ bụ na Chineke a dawo n'imezu nkwa ya niile? E-e: o mezuwo nkwa niile nke o kwere. Jisọs e biliwo, ma o mechiwọkwa ọnụ-ụzọ ebe nsọ nke nchụ-àjà nke eluigwe, ma o meghewokwa otu ụzọ bara n'ebe nsọ kachasị ebe nsọ, ma Ọ bawọkwa n'ime ihicha ebe nchụaja ahụ. Mụọ-ozi ahụ wee sị, ndị niile ji ntachi-obi chere g'aghotakwa ihe omimi a.

Ọ bụ madụ dahiere; kama ọ dịghị mgbe ndahie ọbụla dị n'akụkụ nke Chineke. Ihe niile ka e mezuru bụ nke Chineke kwere na nkwa; kama madụ sitere na nmejọ-ihe legịde elu ụwà anya, na ewere ya na ọ bụ ebe nsọ ahụ a g'edo ọcha n'ogwụgwụ-oge nke amụma niile. Ebum-n'uche nke madụ adawo, kama ọ bụghị nkwa nke Chineke dara m'ọli. Jisọs zigara ndị mụọ-ozi ya iduzi ndị ahụ nwere nkpọchụ-iru, iduru echiche ha ba n'ime Ebe nsọ ahụ nke kachasị ebe-nsọ ebe o jeworo ime ka ebe-nchụaja dị ọcha, ma meekwa udo pụrụ iche n'ihi Izrel. Jisọs gwara ndị mụọ-ozi na ndị niile chọtara ya g'aghọta ọlụ a nke ya onwe ya g'alụ. A hụrụ m na mgbe Jisọs nọ n'ebe-nsọ ahụ nke kachasi ebe-nsọ, na a g'alụtara ya Jerusalem ọhụụ ahụ, ma na mgbe ọ lụsịrị ọlụ ya n'ebe-nsọ ahụ kachasi ebe-nsọ, ọ g'arịdata n'ụwà n'ike nke Onye-eze ma werekwa ndị ahụ dị oke ọnụ-ahia nye onwe ya, ndị jiworo ntachi-obi chere nlọghachi ya.

Mgbe ahụ e gosịrị m ihe mere n'eluigwe mgbe oge nke amụma gwusịrị na 1844. A hụrụ m na mgbe ije-ozi nke Jisọs n'ebe nsọ gwusịrị, o wee kpọchie ụzọ ebe ahụ, oke ọchịchịrị dakwasịrị ndị niile nụworo, ma jụ ozi niile nke ọbịbịa Kraist, na ha ahụghịkwa ya. Mgbe ahụ Jisọs yikwasikwara onwe ya akwa dị oke ọnụ ahia. Gburu-gburu àlà-àlà nke uwe-nwụda ya bụ mgbaringba na ifiri-pomegranets, mgbarimgba na ifiri-pomegranets. Sitekwa na ngụ ya ka o yikwasịrị ihe mgbochi-obi nke ọlụ dị nkpa. O n'egbukekwa-egbuke, ka o n'eje ije, n'amụbakwa mkpụrụ okwu ndị yiri ka ọtụtụ áhà e dere, m'ọbụ a tụrụ atu n'elu ihe mgbochi-obi ahụ. Mgbe o yikwasịrị onwe ya ihe-mgbọkwasi zuru oke, tinyekwara ihe dị n'isi ya nke yiri okpu-eze, ndị mụọ-ozi gbara ya gburu-gburu, ma sitekwa n'ugbo-àlà ọkụ o wee gafee ihe mkpuchi nke abụa. Mgbe ahụ a gwara m ka m riba-àmà ọnụ-ụlọ abụa nke ebe nchụ-àjà nke eluigwe. Akwa-mgbochi ahụ, m'ọbụ ọnụ-ụzọ, ka e mehere, e kwekwara ka m banye. N'ime ọnụ-ụlọ nke mbu a hụrụ m oriọna ahụ n'ihe ndọba-oriọna asaa, nke bara ụba n'ile-anya dịkwa ebube; ọbụna tebul ebe ndọba nke achịcha iru-Chineke, n'ebe nchụ-àjà nke isi-ụtọ, na ihe nsure-ọkụ ya. Ihe niile nke dị n'ọnụ ụlọ a yiri dịka ezi ọla-edo, n'enwụpụtakwa oyiyi nke onye ahụ nke na abanye n'ime ebe ahu. Akwa-mgbochi ahụ nke kewara ọnụ-ụlọ abụa ndịa dịkwa ebube nke ukuu. Ọ bụ ihe nwere ụcha dị iche-iche, na ihe ọdụdụ dị iche-iche, na ihe ichọ-mma dị ya gburu-gburu nke e dekwasịrị

ihe ọdịde nke ọla-edo n'elu ya, nke nọchiri anya ndị mụọ-ozi. E weliri akwa mgbochi ahụ, m wee leba anya n'ime ọnụ-ụlọ nke abụa ahụ. A hụrụ m n'ebe ahụ otù igbe nke nwere ụdi ezi ọla-edo. E jiri ihe ịchọ-mma mee gburu-gburu elu-igbe ahụ, nke nọchiri anya okpu-eze dị iche-iche. Ọ bụ ihe e ji ezi ọla-edo mee. N'ime igbe ahụ ka e tinyere mbadamba nkume ndịa jikọrọ iwu-iri ahụ. Nụsọtụ àkwà nke igbe ahụ ka cherub mara mma nọ gbasaakwa nkù ha n'elu-igbe ahụ. Nkù ha ka e weliri n'elu, na e metụkwa onwe ha n'elu isi nke Jisọs, ka ọ n'eguzo n'akụkụ igbe ahụ. Ha n'echekwa onwe ha iru, n'eledakwa anya ha n'igbe ahụ, nke nọchitere anya igwe ndị mụọ-ozi niile ka ha ji nmasị n'elegide iwu

Chineke anya. N'aghata Cherubim ndịa bụ ihe nsure-ọkụ ọla-edo ahụ. Ma dịka ekpere nke ndị nsọ n'okwukwe rigokuru Jisọs, na o chere ha n'iru Nna ya, isi-ụtọ n'apụta site na ihe ndọba ahụ. O yiri anwụrụ-ọkụ nke nwere ụcha dị iche-iche mabigara mma oke. N'elu ebe Jisọs n'eguzo, n'iru igbe ahụ, a hụrụ m ihe nke nwụbigara oke n'ebube nke m n'apụghị ilegide anya. Ọ dịka àlà-eze ebe Chineke bi. Ma dịka ihe isi ụtọ ahụ n'arigokuru Nna, ebube dịkasịrị mma bikutere Jisọs site n'och'eze nke Nna, ma sitekwa na Jisọs, ọ wakwasịrị ndị niile ekpere ha gbagotere elu dịka ihe n'esi-isì ụtọ. Ihè n'ebube wụkwasịrị n'isi Jisọs n'uju ya, ma nwụkwasi ebe nkpuchi-nmehie ahụ, n'ahịrị nke ebube jupụtara ụlọ ukuu ahụ. A pụghịkwa m ilegidesi ebube ahụ anya ike ọtụtụ oge. Ọ dighịkwa asụsụ ọbụla pụrụ ikọwa ya. O juru m anya nke ukuu, m wee chigharia site n'ịdị ukuu na ebube nke ọnọdụ ahụ.

E gosịrị m ebe nsọ n'elu ụwà nke nwere nkeg'abụa. O yikwara nke ahụ dị n'eluigwe. A gwara m na ọ bụ ebe-nsọ nke elu-ụwà, nke n'atụ aka nke eluigwe. Ihe niile dị n'ime nkega nke mbụ nke ebe-nsọ nke ụwà ahụ dịkwa ka ihe ndị ahụ nke dị na nke eluigwe. E weliri akwa mgbochi ahụ, m wee leba anya n'ime ebe-nsọ nke kachasi ebe-nsọ niile, ma hụkwa na ihe niile dị n'ime ya yikwara ndị ahụ dị n'ebe-nsọ nke kachasi ebe-nsọ niile nke dị n'eluigwe. Ndị nchụ-aja jekwara ozi n'ime nkega abụa nke ebe-nsọ nke elu-ụwà. N'ime nkega nke mbụ ka ọ n'eje ozi kwa ụbọchị n'ime afọ, ma banyekwa n'ebe nsọ nke kachasị ebe-nsọ naanị otu mgbe n'ime afọ, ime ka ọ dị ọcha site na nmehie niile nke e bugaworo n'ebe ahụ. A hụrụ m na Jisọs jere ozi n'ime nkega abụa nke ebe-nsọ nke eluigwe. Ọ banyere n'ime ebe-nsọ nke eluigwe site n'inye obara nke onwe ya. Ndị nchụ-àjà nke elu-ụwà ka a n'ewezuga site n'ọnwụ, n'ihi nka ha a pụghị inọgide ogologo-oge; kama Jisọs, ka m hụrụ, dịka onye nchụ-àjà ebighị-ebi. Site na aja dị iche-iche na onyinye dị iche-iche e wetara n'ebe-nsọ nke elu ụwà, ụmụ Isrel n'ejide ezi-omume niile nke Onye-nzọpụta n'abia. Ma sitekwa na amamihe nke Chineke ihe niile banyere ọlụ a ka e nyekwara anyị ka anyị wee leghachi anya n'ebe ha nọ, ma ghotakwa ije ozi nke Jisọs n'ebe-nsọ nke eluigwe.

N'obe, dịka Jisọs nwụrụ na Kalvarị, O tiri-mkpu sị, Ọ gwụwo, na akwa-mgbochi nke ebe-nsọ ahụ gbawara abụa, site n'elu rue àlà. Nka bụ igosi na ije-ozi niile nke ebe-nsọ nke elu-ụwà gwusịrị ebighị-ebi, na Chineke a gaghịkwa ezute ha ọzọ n'ebe nsọ ha nke elụ-ụwà, ịnara àjà ha dị iche-iche. Ọbara nke Jisọs ka a wụsịrị mgbe ahụ, nke ya onwe ya g'eji je ozi n'ebe-nsọ nke eluigwe. Ka ndị nchụ-àjà n'ebe-nsọ nke elu-ụwà banyere n'ebe-nsọ nke

kachasi ebe nsọ ahụ otu ugbo n'afọ ime ka ọ dị ọcha, Jisọs banyekwara n'ebe-nsọ nke kachasi ebe-nsọ nke eluigwe, n'ogwụgwụ nke puku ụbọchị abụa na narị atọ nke Daniel 8, na 1844, ime udo ebighị-ebi nye ndị niile pụrụ irite uru na ọlụ nke ogbugbo ya, na ime ka ebe-nsọ ahụ dị ọcha.

Isi Nkɛ 28—Ozi Mụọ-ozi Nkɛ Atọ Ahụ

Ka ije ozi nke Jisọs gwụsịrị n'ebe-nsọ ahụ, na ọ gafere n'ebe-nsọ nke kachasị ebe-nsọ, wee guzo n'iru igbe ahụ nke nagịdere iwu Chineke, O zigara mụọ-ozi ukuu ọzọ n'ime ụwà nke jikwa ozi nke atọ ahụ. Ọ tụkwasịrị ibe-akwụkwọ n'aka mụọ-ozi ahụ, ma dịka ọ rịdatara n'elu-ụwà n'ịdị ukuu na ike, o tiri-mkpu nke ịdọ-aka na ntị dị egwu, n'ụdi nke n'adighị mgbe a kwanyere madụ ụjo dị otua. A kwadoro ozi a ime ka ụmụ Chineke nọrọ na nche, na ịgosi ha oge-awa nke ọnwụnwa na ihe-mgbu dị ha n'iru. Mụọ-ozi ahụ wee si, a g'akpụtakwa ha nso ịlụ ọgụ ha na nwa anụ-ohia ahụ na oyiyi ya. Olileanya nke ndụ ebigh-ebi ha bụ naanị inọgidesike. Ọ bụ ezie na ndụ ha nọ na nkpagbu, kama ha a ghaghị ijidesi ezi-okwu ahụ ike. Mụọ-ozi nke atọ ahụ mechiri ozi ya n'okwu ndịa, N'ebea ka ntachi-obi nke ndị nsọ dị; ndịa bụ ndị n'edebe ihe Chineke nyere n'iwu, na okwukwe nke Jisọs. Ka ọ n'ekwụghachi okwu ndịa ọ tụrụ aka n'ebe-nsọ nke eluigwe. Uche nke ndị niile nabatara ozi a ka e duru gaa n'ebe-nsọ kachasị ebe-nsọ ebe Jisọs n'eguzo n'iru igbe ahụ, n'alụkwa ọlụ nke nnọchite anya ikpeazụ nye ndị niile obi-ebere fọdụrụ, ma nyekwa ndị niile mebiworo iwu Chineke n'amaghị-àmà . Ọlu nke nkpuchi nmehie a ka a lụrụ nye ndị ezi-omume nwụru-anwụ ma nyekwa ndị ezi-omume dị ndụ. Jisọs n'alụ ọlụ nkpuchi nmehie nye ndị nwụworo anwụ, bụ ndị n'anataghị ihè nke dị n'iwu Chineke, ndị mehiekwara n'amaghị-ama .

Mgbe Jisọs meghesịrị ọnụ-ụzọ nke ebe-nsọ kachasi ebe-nsọ, ihe nke ụbọchị izuike ka a hụrụ, ma ndị nke Chineke ka a g'anwalekwa ma nwapụtakwa, dịka Chineke nwapụtara ndị Izrel ochie, ihụ ma ha g'edebekwa iwu ya. A hụrụ m mụọ-ozi nke atọ ahụ ka ọ n'atụ aka n'elu, n'egosikwa ndị ahụ nwere nkpọchụ-iru ụzọ gara ebe-nsọ ahụ nke kachasị ebe-nsọ nke eluigwe. Ha wee soro Jisọs n'okwukwe banye ebe-nsọ ahụ nke kachasị ebe-nsọ. Ha achọtawokwa Jisọs ọzọ, nke kpaliri ọñụ na olileanya ha ọhụụ. A hụrụ m ka ha leghachiri anya azụ na atụgharịkwa uche n'ihe ndị gara-aga, sitekwa na nkwupụta nke ọbịbia abụa nke Jisọs, rue ka njem niile ha sị dị na ngafe-oge nke 1844. Ha hụrụ nkpọchụ-iru ha ka a kọwapụtara ya, ya mere ọñụ na ihe ido-anya biakwasịrị ha ọzọ. Mụọ-ozi nke atọ ahụ a wakwasiwo ihè n'ihe ndị gara-aga, nihe oge ugbua na nihe dị n'iru, ha matakwara na Chineke duru ha n'ezie site n'ụzọ omimi nke amamihe ya.

E gosịrị m na ndị ahụ fọdụrụ sooro Jisọs banye n'ebe-nsọ ahụ nke kachasi ebe-nsọ, ma hụkwa igbe ahụ, na oche mkpuchi nmehie ahụ, nke ebube ihe ndịa mere ka ha tụa egwu nke ukuu. Jisọs welitere ihe mkpuchi nke igbe ahụ, ma lee! Mbadamba nkume ndị ahụ, e dekwasịrị iwu-iri ahụ n'elu ha. Ha leruru anya-àlà nụkpụrụ niile ndịa dị ndụ; kama ha malitekwara nleru-anya àlà ha ọzọ site n'itụ oke egwu mgbe ha hụrụ iwu nke anọ n'etiti iwu iri ahụ dị nsọ, ọbụna mgbe ihè karịrị ukuu n'enwukwasị iwu nke anọ ahụ karị iteghete ndị ọzọ, na ògwùgwù nke ebube gbakwara ya gburu-gburu. Ha ahụghịkwa ihe ọbụla ebea nke n'agwa ha na e bibiwo ụbọchị izu-ike, m'ọbụ gbanwee ya ka ọ bụru n'ụbọchị mbụ

n'izu. A n'agupụtakwa ya dịka na mgbe e kwuru ya site n'ọnụ Chineke n'ike na ok'ebube n'elu-ugwu ahụ, ọbụna mgbe amụmà gburu na egbeluigwe gbakwara, na mgbe e edere ya site na mkpịsị-aka ya dị nsọ na mbadamba nkume ndia. Ụbọchị isii ka ị g'alụ ọlụ, jee ozi gị niile; ma ụchọchị nke asaa bụ ụbọchị izu-ike nke onye nwe gị na Chineke gị. Ọ tụrụ ha n'anya mgbe ha hụrụ mkpachara anya e nwere n'ebe iwu-iri ndịa dị. Ha hụrụ ka e dotere ha nso n'akụkụ Jehova, ebe a nechekwa ya site na nhukụ nke ịdị-nsọ ya. Ha hụrụ na ha a zọgideworị ụkwụ ha n'iwu nke anọ ahụ, na edebekwarị ụbọchị e wepụtara site n'aka ndị n'ekpere arụsi na ndị otu Pop, kama idebe ụbọchị nke Jehova doro nsọ. Ha wedara onwe ha n'iru Chineke, ma riekwa uju banyere nmebi-iwu ha n'oge ndị gara aga.

A hụrụ m ihe isi-ụtọ ahụ n'ebe ndọba ihe ahụ ka ọ n'asọpụta anwụrụ-ọkụ mgbe Jisọs n'eche nkwupụta nmehie ha na ekpere ha n'iru Nna ya. Ma dịka ọ n'arigo, ihè nwụpụrụ enwụpụ nọkwasịrị n'isi Jisọs, na n'elu-oche nkpuchi nmehie ahụ; ma ndị ahụ ji obi, n'ekpesi ekpere ike, ndị o wutakwara rie nne na ha chọpụtara onwe ha dịka ndị n'emebi-iwu Chineke, ka a gọziri, iru ha wee nwụpụ n'ime olileanya na ọñụ. Ha wee sorokọ n'ọlụ nke mụọ-ozi nke atọ ahụ, ma weliekwa olu ha elu na ekwupụta okwu idọ-aka na ntị ahụ dị nro. Kama naanị ole na ole na mmalite naara ozi ahụ, kama ha nọgidekwara ikwupụta ịdọ-aka na ntị ahụ n'ike. Mgbe ahụ m we hụ ọtụtụ ka ha nabatara ozi mụọ-ozi nke atọ ahụ, ma jikọkwa olu ha na ndị ahụ nke kwupụtaworo ozi ịdọ-aka na ntị ahụ na nmalite, ha niile wee bulie áhà Chineke elu ma gosikwa ịdị-ukuu Ya site n'idobe ụbọchị izu-ike ya e doro nsọ.

Ọtụtụ ndị nakweere ozi nke mụọ-ozi nke ato ahụ a k'amataghị ihe ọbụla banyere ozi abụa ndị buru ụzọ. Ekwensu ghọtara nka, wee tụkwasịkwa anya ọjọọ ya n'arụ ha ikwatu ha; kama mụọ-ozi nke atọ ahụ nọgidere n'atụrụ ha aka n'ebe-nsọ ahụ nke kachasị ebe-nsọ, ọbụna ndị nwekwara amamihe n'ozi ndị gara aga nọgidekwara n'atụrụ ha aka ụzọ nke ebe-nsọ nke eluigwe. Ọtụtụ hụrụ ezi nko ahụ nke kokotara ozi mụọ-ozi ndịa niile, ma werekwa ọñụ nara ya. Ha nabatara ha dum n'usoro ha, ma sorokwa Jisọs site n'okwukwe banye n'ebe-nsọ nke eluigwe. Ozi ndịa niile ka e gosịrị m dịka ihe nkogide-aka nke n'ejide nzukọ. Ma dịka ndị madụ n'anara na aghotakwa ha n'otu n'otu, a na ekpuchitekwa ha site n'ọtụtụ nduhie nke Ekwensu.

Mgbe oke mkpọchụ iru nke 1844 ahụ gasịrị, Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nọgidesịrịke n'ọlụ ise-ọnya dị iche-iche ibibi okwukwe nke nzukọ ahụ. Ọ n'arugide echiche ọtụtụ madụ ndị mazuru ihe ndịa n'onwe ha. Ha nwere ụdị nke nnweda-n'àlà. Ha gbanwere ozi nke mbụ na nke abụa, n'atụkwa aka n'ọdị-n'iru dịka mgbe ihe ndịa g'emezu, mgbe ndị ọzọ n'atụkwa aka na ihe ndịa e mezuworị n'oge ndị gara aga. Madụ ndịa n'adọpụ uche ndị n'amaghị, na akwatukwa okwukwe ha. Ụfọdụ na enyochakwa akwụkwọ-nsọ na agbali iwuli okwukwe nke onwe ha, n'adabereghị nzukọ. Ekwensu ñụrịrị n'ihe ndịa niile; n'ihi na ọ mara na ndị niile dọkapụrụ onwe ha site na arịlaka ahụ, na ọ pụrụ irugide site na ọtụtụ nmejọ-ihe ma n'ebụgharikwa ha site n'ifufe nke ozizi dị iche-iche. Ọtụtụ ndị ndu n'oge ozi nke mbụ na nke abụa, gọnarirị ha, nkewa na mgbasasị batakwara na nzukọ. Mgbe ahụ a hụrụ m William

Miller. Iru ya gbagọkwara-agbagọ, ma rudatakwa isi ya n'iri-uju na gịgaara nke obi n'ihi ndị ya.

Ọ hụrụ ọgbakọ ahụ ndị kekọrọ onwe ha ọnụ na 1844, ka ha n'arapụ ihụnanya ha nweworo n'ime onwe ha, ma n'emegịdekwa onwe ha. Ọ hụrụ ha ka ha danyere n'ime ọjụjụ-oyi, na ọnọdụ nke ndala-azụ. Ọ dara-mba site n'ihe mgbu nke obi. A hụrụ m ndị n'edu edu ka ha nọ n'enyo William Miller, n'atụkwa egwu na o nwere ike ịnabata ozi mụọ-ozi nke atọ ahụ na iwu-iri nke Chineke. Ma dịka o nwara idabere na ihè ahụ nke sitere n'eluigwe, madụ ndịa g'atupụta ụkpụrụ ihe g'adọpụ uche ya. A hụrụ m mgbali nke madụ ime ka uche ya nọgide n'ime ọchịchịri, na imekwa ka nhukụ ya nọgide n'etiti ha. Mgbe oge gasịrị William Milller weliri olu ya megide ihè ahụ sitere n'eluigwe. Ọ dara site n'anaraghị ozi ahụ nke pụrụ ikọwara ya n'ozuzu-oke banyere mkpọchụ-iru ya ahụ, na iwakwasikwa ihè n'ebube n'ihe ndị gara-aga, bụ nke pụrụ itute ya site n'ịda-mba ya niile ma wakwasikwa ihè na olileanya ya, ma durukwa ya inye Chineke otuto. Kama ọ dabere na amamihe nke madụ karị nke Chineke, ma n'ihi ike ọgwụgwụ sitere n'oke ndọli n'ọlụ Onyenwe ya, tinyekwara agadi nke o meworo, Ọ bụghị onye a na agụrụ nmejọ ndịa niile dịka ndị ahụ dọpụrụ ya site n'ezi-okwu ahụ. Ndị ahụ ka ọ tụrụ n'isi, nmehie ahụ n'adịkwara ha. Ọ bụru na William Miller hụworo ihè nke ozi nke atọ ahụ, ọtụtụ ihe ndị gbara ọchịchịri dịkwa omimi nye ya k'abụrị ihe a kọwapụtara nye ya. Ụmụnna ya gosipụtakwara ịhụnanya na nmasị dị omimi n'ebe ọ nọ, ọ bụ echiche ya na ya agaghị adọkapụ onwe ya n'ebe ha nọ. Obi ya g'anọgide n'ezi-okwu ahụ; ma mgbe ahụ ọ n'elekwasi ụmụnna ya anya. Ha a nagideghị ya. Ọ ga adọkapụ onwe ya site n'arụ ndị nọ ya n'akụkụ mgbe ha na- ekwusa ọbịbia Jisọs? O chere na ọ dighị mgbe ha g'eduhie ya.

Chineke kwere ka ọ banye n'okpuru ike nke Ekwensu, ka ọnwụ nwekwa ike n'arụ ya. Ọ zoro ya n'ime ili, site n'aka ndị nọgidere idọpụ ya n'aka Chineke. Mosis dahiekwara mgbe ọ fọdụrụ ntakịrị ka ọ banye àlà nkwa ahụ. N'out-aka ahụ kwa, a hụrụ m na William Miller dahiere mgbe ọ fọdụrụ ihe nta ka ọ banye Kenan nke eluigwe, n'ime ka nhukụ ya megide ezi-okwu ahụ. Ndị ọzọ dubara ya na nka. Ndị ọzọ ga azakwa ajụjụ na nka. Kama ndị mụọ-ozi Chineke n'echegide aja ahụ dị oke ọnụ-ahia nke oru Chineke, na ọ g'apụtakwa n'ụda nke opi ikpeazụ ahụ.

Isi Nke 29—Ihe Nnọkwasị Siri-Ike

Ahụrụ m ọgbakọ guzoro nke ọma ndị e chekwara echekwa nọsikwara ike, ndị n'agaghị eche iru ha n'ebe ndị g'emelu okwukwe nzukọ ha. Chineke lere ha anya-ọma. E gosịrị m nzọ-ụkwụ atọ - otu, abụa na atọ - bụ ozi mụọ-ozi nke mbụ, nke abụa na nke atọ ahụ. Mụọ-ozi ahụ wee si, ahụhụ g'adịrị onye ọbụla nke g'ebupụ otu nkume, ma ọ bụ kpalie otu anaga n'ime ozi ndị a. Ezi nghọta nke ozi ndịa dị oke mkpa. Ndụ nke ọtụtụ nkpụrụ obi n'adabere na omume nke e jiri nabata ha. A kpọtakwara m ọzọ rue ozi ndịa niile, ma hụ ka o si dị ukuu bụ ụgwọ ndị nke Chineke kwụrụ n'izụta amamihe ha. Ha nwetaworo ya site n'oke nhụju-anya na ọgụ sịrị ike. Site na nzọ-ụkwụ rue nzọ-ụkwụ ka Chineke duworo ha n'aga, rue mgbe o dotere ha n'elu ebe siri ike, n'apụghị ikwatu akwatu.

Mgbe ahụ a hụrụ m ndị madụ n'otu n'otu ka ha n'abiaru nso ebe-nnọkwasi ahụ, ma tutu ha zọkwasị ụkwụ ha n'elu ebe ahụ ha n'enyọchakwa ntọ-àlà ya. Ụfọdụ ji nñurị-ọñụ n'otu oge ahụ n'arigọkwa n'elu ya. Ndị ọzọ malitere ichọpụta ezighị-ezi nke ntọ-àlà ebe nnọkwasị ahụ. Ha chọrọ ka e dozie ihe ụfọdụ, ka ebe nnọkwasị ahụ zue oke, ka ndị madụ nwekwa obi-ụtọ karịa. Ụfọdụ rịdatakwara ma nyochaakwa ebe nnọkwasị ahụ, ma chọtakwa ezighị-ezi na ya, wee kwupụta na a tọrọ ntọ-àlà ya n'ezighị-ezi. A hụrụ m na madụ karịrị na ọnụ-ọgụgụ guzosịrị ike n'elu ihe nnọkwasi ahụ, ma n'adusikwa ndị ọzọ ọdụ ike ndị rịdaworo site na ya ka ha kwusị ntamụ ha, n'ihi na Chineke bụ okachamara nke wuru ụlọ ahụ, na ọ bụkwa Ya ka ha n'aluso ọgụ. Ha gụkọrọ ọlụ-ebube niile nke Chineke, nke duteworo ha n'ebe-nnọkwasị ahụ sịrị ike, ma sitekwa n'ịdị n'otu ka ọtụtụ n'ime ha weliri anya n'eluigwe, ma jirikwa oke-olu nye Chineke otuto. Omume nka hụkukwara ụfọdụ n'ime ndị ahụ tamuworo ntamụ, ma rapụkwa ebe nnọkwasị ahụ, ma jiri anya nke nweda onwe onye n'àlà wee rịgotakwa n'elu ya ọzọ.

A tụụrụ m aka ọzọ lọghachi na nkwupụta nke ọbịbịa mbụ nke Kraist. E zigara Jọn na mụọ na ike nke Elaija idozi ụzọ nye ọbịbịa nke Jisọs. Ndị niile jụrụ àmà nke Jọn e riteghị uru na ozizi niile nke Jisọs. Nmegide ha megịdere nkwupụta banyere ọbịbịa mbụ ahụ dotere ha ebe ha napụghị ịnara ihe ngosi wekasịrị anya na Jisọs ị bụ Mesaia ahụ. Ekwensu duru ndị ahụ jụrụ ozi nke Jọn igakwa n'iru, ijụ Jisọs na ịkpọgide Ya n'obe. N'ime nka, ha dotere onwe ha ebe ha n'apụghị ịnata ngọzi nke ụbọchị Pentikọst, nke ga akụziri ha ụzọ ịbanye n'ebe-nsọ nke eluigwe. Mgbawa nke akwa nkpuchi nke ebe-nsọ ahụ gosịrị na nchụ-àjà niile nke ndị Juu na omenàlà niile ha ka a n'agaghị anarakwa ọzọ. Aja ukuu ahụ abụwori nke a chụrụ, a narawọkwarị ya, na Mụo-nsọ nke rịdatara n'ụbọchị Pentikoọst buuru uche nke ndị n'eso ụzọ ya site n'ebe nsọ nke ụwà jee na nke eluigwe, ebe Jisọs banyeworo site n'obara nke aka ya, ma wụsara ndị n'eso ya uru niile nke ha k'enwetarị n'elu ukpụrụ nke nzọpụta, ma nọgịdekwa n'itụkwasị obi na nchụ-àjà ha na onyinye ha niile n'abaghị uru ọbụla. Ha apụghịkwa irịta uru ọbụla site n'olu ogbugbo nke Kraist n'ebe nsọ ahụ. Ebe-nsọ

nke eluigwe e werewori ọnọdụ nke ebe nsọ nke ụwà, kama ha a mataghịkwa ụzọ nke gara ebe-nsọ nke eluigwe ahụ.

Ọtụtụ madụ tụrụ oke egwu mgbe ha letara nmeso ndị Juu mesoro Jisọs n'iju ya na ikpọgide ya n'obe. Ma ka ha n'agụ akụkọ nke nmeso ihere ya, ha chere na ha hụrụ Kraist nanya, nke ha na a kagọnarighị ya dịka Pita, m'ọbụ kpọgide ya n'obe dịka ndị Juu mere. Kama Chineke onye hụrụ ụdị nwụte ha nye Ọkpara ya, anwapụtawọkwa ha, ma wetekwa nwale nye ụdi ihụnanaya ahụ ha sị na ha hụrụ Jisọs.

Eluigwe niile ji nmasi dị omimi n'ele ka e si a nara ozi ahụ. Ma ọtụtụ ndị si na ha hụrụ Jisọs n'anya, ndị hikwara anya-miri mgbe ha n'agụ akụkọ nke obe ahụ, kama ha g'anara ozi ahụ n'obi-ụtọ, bụ ndị a kpaliri iwe, ma meekwa ozi-ọma nke ọbịbịa Jisọs ihe- ọchị, ma kpọkwa ya njehie. Ha adighịkwa ejeko n'etiti ndị ahụ hụrụ obibia ya n'anya, kama ha kpọrọ ha asi, ma chụpukwa ha site na nzukọ ha niile. Ndị niile jụrụ ozi nke mbụ ahụ a pụghịkwa irịta uru na nke abụa ahụ, ha agaghịkwa erịta uru site na mkpu nke etiti abali ahụ, nke pụrụ ijikere ha site n'okwukwe isoro Jisọs banye n'ebe-nsọ nke kachasị ebe-nsọ nke eluigwe. Ma site n'ijụ ozi abụa ndị mbụ ahụ, ha a pụghị ihụ ihe ọbụla nke sitere n'ozi mụọ-ozi nke atọ ahụ, nke n'egosi ụzọ banyere n'ime ebe nsọ kachasi ebe nsọ. A hụrụ m na nzukọ ndịa dị iche-iche, dịka ndị Juu kpọgidere Jisọs n'obe, a kpọgidewọkwa ozi ndịa niile n'obe, nke mere na ha a mataghị ihe ọbụla e mere n'eluigwe, ma ọbu ụzọ bara n'ebe-nsọ ahụ kachasi ebe-nsọ, na ha a pugbhikwa iketa uru ọbụla sitere n'aririọ Jisọs n'arịọta ebe ahụ. Dịka ndị Juu, na achụ aja ha nabaghị uru ọbụla n'ebe nkega ahụ nke Jisọs rapụworo, ma Ekwensu, ebe o nwere nmasị na nduhie nke ndị sị na ha bụ ndị n'eso ụzọ Kraist, na ejisikwa ha ike n'ọnya ya, ma n'enwekwa ụdị agwa nke okpukperechi, ma n'edukwa uche ndị sị na ha bụ ndị nke Kraist nye onwe ya, n'alụkwa ọlụ n'ike ya, n'ọtụtụ ihe iribama na ọlụ ebube ụgha ya dị iche-iche. Ụfọdụ ka ọ n'eduhie n'otu ụzọ ụfodụkwa n'ụzọ ọzọ. O nwere nduhie dị iche iche o doziri nke g'emetụta echiche dị iche-iche.

Ụfọdụ ji obi mgbafu n'elegide otu nduhie, mgbe ha sitere n'ezi-obi ha n'anara nke ọzọ. Ekwensu n'eduhiekwa ụfọdụ site n'ofufe mụọ-ọjọọ. Ọ n'abiakwa dịka mụọ-ozi nke ihè, n'agbasakwa nhukụ ya n'ebe niile. A hụrụ m ọtụtụ nwụgharị ihe-ụgha ebe niile. A kpaliri nzukọ niile, ma n'eche na Chineke n'alụrụ ha ọlụ dị ebube, mgbe ọ bụ naanị mụọ ọzọ. Nka g'anwụkwa ma rapụ ụwà na nzukọ n'ọnọdụ jọgburu onwe ya na njọ karị mgbe mbụ.

A hụrụ m na Chineke nwere ụmụ kwesịrị ntụkwasị-obi n'etiti ndị n'ele anya ọbịbịa Kraist, na nzukọ ndị dárá-ada, ma ndị-ozi na ndị madụ ka a g'akpọpụtakwa site na nzukọ ndịa, tutu a wụsa ihe otiti, ma ha g'ejikwa obi ụtọ nara ezi-okwu ahụ. Ekwensu matara nka, na tutu oke iti-mkpu ahụ nke mụọ-ozi nke atọ, ọ g'akpali ọnụ-ọkụ n'ime ọgbakọ okpukperechi ndịa, na ndị niile jụrụ ezi-okwu ahụ g'eche na Chineke nọyere ha. O nwere olileanya iduhie ndị kwesịrị ntụkwasị-obi, ma duru ha iche na Chineke nọkwa n'alụrụ

nzukọ ndịa ọlụ. Ma ihè a g'enwụ, na onye ọbụla n'ime ndị kwesịrị ntụkwasị-obi g'arapụ nzukọ ndịa dárá-ada, ma guzoroọkwa n'etiti ndị ahụ fọdụrụ.

Isi Nkɛ 30—OFufɛ Mụọ-ỌJọọ

A hụrụ m nduhie nke ntakwu na ite-aka. Ekwensu nwere ike nke o ji e weta ọdịdị ndị ga apụta n'iru anyị dịka a si na ha bụ ndị ezi-n'ụlọ anyị na ndị enyi anyị ha ndị n'ararụ ụra-ọnwụ ugbua n'ime Jisọs.

Ọ g'eme dịka ha pụtara n'iru anyị, ụdị okwu ha kwuru mgbe ha dị ndụ, nke anyị makwaara nke ọma, ka a g'ekwu kwa, ọbụna ụda olu-okwu ha mgbe ha dị ndụ g'adakwa na ntị. Ihe ndịa niile bụ iji duhie ụwà, ma makwa ha n'ọnya n'ikwenye ụdị nduhie a.

A hụrụ m na ndị nsọ aghaghị inwe ezi nghọta zuru oke banyere ezi-okwu nke oge ugbua, nke ha g'anagide site n'akwụkwọ-nsọ. Ha aghaghị ighọta ọnọdụ nke ndị nwụrụ-anwụ; n'ihi na mụọ nke Ekwensu g'abiakutekwa ha, n'ekwupụta na ha bụ ndị-enyi na ndị ezi-n'ụlọ ha, ndị g'ekwupụtara ha ụkpụrụ dị iche-iche n'esiteghị n'akwụkwọ nsọ. Ha g'eme ihe niile dị n'ike ha ikpali obi ahizi, ma meekwa ihe iribama n'iru ha, imejupụta ihe ha n'ekwu. Ndị nke Chineke aghaghị ịnọ na njikere iguzogide mụọ ndịa site n'ezi-okwu nke akwụkwọ-nsọ na onye nwụrụ-anwụ a mataghị ihe ọbụla, na ndịa bụkwa ndị mụọ-ọjọọ nke Ekwensu.

A hụrụ m na anyị a ghaghị inyocha nto-àlà nke olileanya anyị, n'ihi na anyị g'enye nkọwapụta banyere ya site n'akwụkwọ-nsọ; n'ihi na anyị g'ahụ nduhie a ka ọ n'agbasa, ma anyị alụsọkwa ya ọgụ iru n'iru. Ma Ọ bụghị naanị ma anyị nọ na njikere n'ihi ya, a g'amata anyị n'ọnya ma meriekwa anyị. Kama Ọ bụru na anyị e mee ihe anyị pụrụ ime n'onwe anyị inọ na njikere n'ihi agha ahụ nke chere anyị n'iru, Chineke g'amekwa oke Ya, n'aka ya karịrị ike ka o g'echekwa anyị. Na ngwa-ngwa Ọ g'ezitekwa mụọ-ozi ọbụla site n'ebube igba-ogige ndị niile kwesịrị ntụkwasi-obi, karịa na a g'eduhie ha ma dufuekwa ha site n'ọlụ-ebube ụgha niile nke Ekwensu.

A hụrụ m ka nduhie a si a gbasa ọsọsọ ebe niile. E gosịrị m ahịrị nke ugbọ-àlà nke n'agba oke ọsọ. Mụọ-ozi ahụ gwara m ka m lezie anya nke ọma. M wee tụkwasị anya m n'ugbo-àlà ahụ. Ọ dịka ụwà niile nọkwa n'ime ya. Mgbe ahụ o gosịrị m onye nduzi nke ụgbọ-àlà ahụ, onye ahụ dịkwa ka ezi nwa amadị new-àlà, onye ndị niile nọ n'ugbọ-àlà ahụ na elekwasị anya n'asopụrụkwa. O juru m anya nke ukuu, m wee jụa mụọ-ozi ahụ n'edu m sị: onye bụ onye ahụ? O wee sị, ọ bụ Ekwensu. Ọ bụ ya bụ onye nduzi nke ụgbọ-àlà ahụ na ọdịdị mụọ-ozi nke ihè. O jidewo ụwà niile n'orù. E nyefewo ha n'aka nduhie sịrị ike, ikwenyere ụgha, ka ha bụrụkwa ndị a jụrụ ajụ. Onye n'anọchite anya ya, nke n'esojekwa ya n'ịdị ukuu, bụ onye n'akwọ ụgbọ-àlà ahụ, ma ndị ọzọkwa n'anọchite anya ya ka o tinyere n'ọlụ na ọnọdụ dị iche-iche dịka o ji ha alụ ọlụ, ma ha niile na agbakwa oke ọsọ rue ila n'iyi. A juru m mụọ-ozi ahụ m'ọbụ na ọ dighị onye fọdụrụ. O wee si m lee anya n'ofe ụzọ nke ọzọ, m wee hụ ọgbakọ nta ka ha na eme njem ha n'ụzọ kpachiri akpachi

dịkwa warara. Ha niile dịkwa ka ndị e jikọrọ n'otu nke ọma, bụrụkwa ndị e kekọtara otu n'ezi-okwu ahụ.

Ọgbakọ nta nka dịka ndị magbọrọ amagbọ, dịka ha a gabigawo ọtụtụ ọnwụnwa na ọgụ sịrị ike. Ọ dikwara ha ka anwụ na a wapụtara ha site n'azụ igwe-ojii, nke n'achakwasikwa n'egedege iru ha, na emekwa ka ha bụrụ ndị n'emeri emeri, dịka a sị na nmeri ha a diwo nso.

A hụrụ m na Onyenwe-anyị e nyewo ri ụwà ohere ichọpụta ọnya nka. Otu ihe nka a buruwo ihe ngosi zuru oke nye onye nke Krasit a gasikwa na ọdịghị ihe ngosi ọzọ. Ọ dịghị ihe dị iche e meworo n'etiti ihe nsọ na ihe rụrụ-arụ.

Thomas Paine, onye anụ-arụ ya sụkọrọ n'aja ugbua, onye a g'akpọpụtakwa n'ọgwụgwụ nke puku afọ ahụ, na nbilite nọnwụ nke abụa ahụ, ịnara ụgwọ-ọlụ ya, na ịta ahụhụ nke ọnwụ nke ugbo abụa ahụ, bụ onye Ekwensu n'asị na ọ nọ n'eluigwe ugbua a, bụrụkwa onye e buliri-elu ebe ahụ. Ekwensu jiri ya lụa ọlụ n'elu ụwà n'oge niile o nwere ike, ma ugbua ọ n'agakwa n'iru n'otu ọlụ ahụ site n'ime dịka a sị na Thọmas Paine bụ onye e buliri-elu ma kwanyekwara ùgwù; ma dịka o ziri ihe n'ụwà, Ekwensu n'eme ka a sị na ọ n'ezikwa ihe n'eluigwe. Ma ụfọdụ ndị nọ n'ụwà ndị ibubo nwụru n'arụ mgbe ha legịdere ndụ ya na ọnwụ ya, na ozizi ya niile rụrụ-arụ mgbe ọ n'adị ndụ, n'ekwenyekwa ugbua ka o zie ha ihe bụ onye bụworo otu n'ime ndị rụkasịrị arụ jọkasikwara na njọ; onye lelikwara Chineke na iwu ya.

Onye ahụ nke bụ Nna nke ụgha niile, n'ekpu ụwà ìsì n'eduhiekwa ha site n'izipụ ndị mụọ-ozi ya ikwuchịtara ndị ozi, ma n'emekwa ka ọ dịka ha na emegịde ihe ha dere n'akwụkwọ mgbe ha nọ n'ụwà, nke Mụo-nsọ gwara ha. Ndị mụọ-ozi ụgha ndia na eme ka ndị ozi merụa ozizi nke aka ha ma kpọ ha ozizi e meluru-emelu. N'ime nka,ọ pụrụ itinye ndị nke Kraist, ndị nwere áhà n'adị ndụ, bụ ndị nwụrụ-anwụ, n'ụwà niile, n'ọnọdụ n'eweghị anya banyere okwu Chineke; n'ihi na nka megịdere ụzọ ya, bụrụkwa ihe pụrụ itụgharị ụkpụrụ ya niile. N'ihi nka ọ n'eme ka ha nwe obi-abụa megide akwụkwọ-nsọ dịka ihe sitere na Chineke, ma were onye a nekweghị ekwe dịka Thomas Paine chee n'iru, dịka a sị na e dubara ya n'eluigwe mgbe ọ nwụru, dịka ya na ndị-nsọ nke Kraist dị n'otu ugbua, bụ ndị ozi ahụ ọ kpọrọ asị n'elu ụwà, dịka ha na akuziri ụwà ihe.

Ekwensu n'enye onye ọbụla n'ime ndị mụọ-ozi ya òkè nke ya a g'alu. Ọ n'agwasi ha ike ka ha nwe aghụghọ, oka, na ùchì. Ọ n'adụ ụfọdụ n'ime ha ọdụ ka ha lụa ọlụ n'ọnọdụ nke ndị ozi Krasit, ma kwuchitekwara ha okwu, mgbe ndị ọzọ g'alụ ọlụ nke ndị n'ekweghị-ekwe na ndị nmebi-iwu ndị nwụrụ n'akọchakwa Chineke, ma ugbua n'adị ka ndị nwere ezi-okpukperechi. Ọ dighkwa ihe dị iche e mere n'etiti ndị ozi dịkarị nsọ na ndị n'ekweghị ekwe jọkasịrị njọ. Ha niile ka e mere ịkuzi otu ihe ahụ. Ihe dị nkpa a bụghị onye Ekwensu n'eme ka o kwue okwu, ma ọ bụru na ebum n'obi ya g'emezu. Ọ nọdụrụ Thọmas Paine nso nke ọma n'elu-ụwà, ma nyerekwa ya aka nke ukuu, na ọ dịrị ya mfe ị mara mkpụrụ-

okwu niile o kwuru, na aka ihe-ọdịde nke otu n'ime ndị jeere ya ozi n'ikwesi ntụkwasị-obi, ma mezuekwa ọchichọ ya niile nke ọma. Ekwensu gụpụtara ya ọtụtụ n'ime ihe odịde ya, ọ bụkwa ihe dịrị ya mfe igụpụta ihe ọbụla dị ya mma site n'ọnụ ndị mụọ-ozi ya ugbua meekwa ka a sị na o sitere n'aka Thoma Paine, bụ ezi onye ọlụ ya mgbe ọ dị ndụ. Ma nka bụ ọlụ Ekwensu n'ozuzu-oke ya. Ozizi ndịa niile nke dị ka ha sitere n'aka ndị ozi, na ndị nsọ, na ndị nmebi-iwu nwụworo-anwụ, n'abia site n'obi Ekwensu n'onwe ya.

Nka kwesịrị izu-oke n'iwezuga ihe inyoghị-inyoghị ọbụla n'obi ma chọpụta n'ime ihe niile ọchịchịri, na ihe omimi niile nke olu Ekwensu; na o nwetawo otu onye ọ hụrụ n'anya nke ọma, na onye kpọrọ Chineke asị nke-ukuu, na ndị ozi niile dị-nsọ, na ndị mụọ-ozi n'ebube; n'asikwa ụwà niile na ndị niile n'ekweghị-ekwe, n'aghanyeghị ụdị onye nmehie ị bụ; n'agbanyeghịkwa ma ikwenyere na Chineke m'obụ n'akwụkwọ-nsọ m'ọbụ na ị kwenyeghị; bie ndụ otu ọ masịri gị, eluigwe bụkwa ụlọ gị; n'ihi na madụ niile matara na ọbụrụ na Thọmas Paine nọ n'eluigwe, bụrụkwa onye e buliri-elu, ha a ghaghị ijerukwa ebe ahụ. Nka were anya nke ọma na madụ niile pụrụ ihụ ma ọ bụrụ na ha chọro. Ekwensu na eme ugba ihe ahụ nke ọ na achọ ị me sitekwa n'oge ọ dara, site n'aka ndị madụ dịka Thọmas Paine. Ọ bụ ya onwe ya, site n'ike ya na ọlụ ebube ụgha ya niile, na adọkapụ ntọ-àlà nke olileanya ndị nke Kraist, n'emenyụkwa ihè anyanwụ ha nke kwesịrị imụnyere ha n'ụzọ warara ahụ gara eluigwe. Ọ n'eme ka ụwà kwenye n'akwụkwọ-nsọ adighị mm'ọbụla karị akwụkwọ akụkọ ọzọ, nke n'esiteghị na Mụo-nsọ, wee n'ewepụtakwa ihe ọzọ inọchi ọnọdụ ya; nke bụ, ngosị ọlụ dị iche-iche nke ndị mụọ!

Nka bụ usoro ọ tụpụtara nye naanị onwe ya, nke nọkwa n'okpuru ya onwe ya, na ọ pụrụ ime ka ụwà kwenye n'ihe ọbụla ọ chọrọ. Akwụkwọ nke kwesịrị ikpe ya na ndị n'eso ụzọ ya ikpe, ka o welara azụ n'ime itiri ebe ọ chọrọ ka ọ nọrọ. Onye-nzọpụta nke ụwà ka o mere ka ọ ghara ịkarị madụ ọzọ ọbụla; ma dịka ndị nche Rom ahụ chegịdere ili Jisọs, gbasara akụkọ-ụgha ahụ nke ndị-isi nchụ-àjà na ndị okenye tinyere n'ọnụ ha, otua ka ndị n'enweghị uche, na ndị e duhiere-eduhie n'eso ụzọ nke ihe nlụpụta niile nke mụọ-ọjọọ ndịa, g'ekwukwa, ma gbaliakwa igosi na ọ dighị ihe ebube dị na ọmụmụ Onye-nzọpụta anyị, ma n'ọnwụ na mbilite n'ọnwụ Ya; ha wee tighachikwa Jisọs n'akwụkwọ-nsọ, n'ime itiri a kpachiri-akpachi, ebe ha chọro ya, ma meekwa ka ndị ụwà lekwasị ha anya n'ọlụ ebube ụgha ha na ihe iribàmà ha dị iche-iche, bụ nke ha n'ekwu na ọ karịrị ọlụ niile nke Krist. N'ụzọ dị otua ụwà niile ka ejidere n'onya, ma rarakwa ya nye n'aka nchekwa; n'agaghị a chọpụta nduhie ọjọọ nka e duhiere ha, rue mgbe a wụsara ihe-otiti asaa ahụ. Ekwensu na achị-ọchị mgbe ọ n'ahụ nmezu nke atụmatụ ya niile, n'ahụkwa ụwà dum n'ime ọnya ya.

Isi Nke 31—Anya Uku

Ahụrụ m Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ka ha n'enwe nzukọ. O wee gwa ndị mụọ-ozi ya ka ha ga see ọnya ha niile karịsia nye ndịa niile n'ele anya ọbịbịa abụa nke Kraist, na ndị n'edebe iwu niile nke Chineke. Ekwensu gwara ndị mụọ-ozi ya na nzukọ niile n'ararụ ụra. Ọ g'amụba ike ya n'ọlụ ebube ụgha ya niile, ọ g'enwekwa ike ijide ha. Kama òtù nke ndị n'edebe ụbọchị izu-ike ka anyị kpọrọ asị. Ha n'anọgide n'ọlụ megide anyị, ma n'anakpụkwa anyị ndị nke anyị, idebe iwu Chineke ahụ a kpọrọ asị. Gaa nụ, mee ka ndị nwere àlà na ego bụrụ ndị nọ na ndọgbu n'ọlụ mgbe niile. Ọbụrụ na unu pụrụ ime ka ha tụkwasị nmasị ha niile n'ihe ndịa, anyị enwetawo ha. Ha nwere ike inwe okwukwe ọbụla ha chọrọ, kama naanị mee nụ ka ha tụkwasị obi n'ego karịa n'ọganiru nke àlà-eze Kraist, m'ọbụ mgbasa ezi-okwu ahụ anyị kpọrọ asị. Chee ụwà n'iru ha nụzọ dịkasịrị mma n'anya, ka ha wee hụ ya n'anya ma were ya dịka chi.

Anyị aghaghị ijide akụ n'uba niile n'ime onweanyị dịka anyị nwere ike. N'ihi na ọ bụ mgbe ha n'enwe akụ n'uba karị, ka ha g'emerụ àlà-eze anyị arụ site n'inapụ anyị ndị nke anyị. Ọzọkwa ka ha n'enwe ọgbakọ n'ebe dị iche-iche, mgbe ahụ ka anyị g'anọkwa n'ihe ọghọm. Nọrọ nụ na nche na mgbe ahụ. Mee ihe ọbụla iji kpọpụ echiche madụ site n'ezi ihe. Mebie ihụnanya n'ebe madụ ibe ya nọ. Mee ka ndị-ozi ha daa-mba n'obi, n'ihi na anyị kpọrọ ha asị. Mee ka ndị nwere akụ n'ụba nwekwa aka-ntagide, ka ha ghara inye ya n'ọlụ Chineke. Leba anya n'okwu ego niile ọ bụrụ na ị nwere ike, ma chụba ndị ozi ha n'ụkọ, na obi ọliịọ-miri. Nka g'egbu mụọ nke ije-ozi ha na inụ-oku nke obi ha. Buso ha agha na nzọ ụkwụ ha ọbụla. Mee ka anya-uku na ihụ ihe ụwà n'anaya bụrụ ihe n'achị-achị n'omume niile ha. N'ihi na mgbe ụdị omume ndịa n'achi ndịa, nzọpụta na amara g'adi anya n'ebe ha nọ. Mee ka ọtụtụ ihe dị iche-iche nọgide ha gburu-gburu, nke ga adọrọ uche ha, mgbe ahụ ha g'abụkwa ndị nke anyị. Ọ bụghị naanị na ha g'abụ ndị nke anyị, kama nhukụ ọjọọ ha agaghị adiyere ndị ọzọ iduba ha eluigwe. Ma ndị g'achọ inye onyinye, tinyekwa n'ime ha ndụ nke ntamu, ka ha nye naanị ole na ole.

A hụrụ m na Ekwensu tinyere atụmatụ ya niile n'ọlụ nke ọma. Ma mgbe ọbụla ndị-oru nke Chineke nwere ọgbakọ, Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ghọtara mkpebi ha, ma nọrọkwa nso igbochi ọlụ nke Chineke, n'anọgidesikwa ike itinye echiche dị iche-iche n'ime obi ndị nke Chineke. ụfọdụ ka ọ n'edu n'otu ụzọ, ụfodụkwa n'ụzọ nke ọzọ, n'enwekwa ohere ị site na ndụ nmehie nke ụmụnne ndị nwoke na ndị nwanyị, n'akpali ndụ nke anụ-arụ ha. Ọbụrụ na ha nwere ndụ nke onwe-onye na anya-uku, Ekwensu g'enwe obi-ụtọ ịnọdụ ha n'akụkụ, ma mgbe ahụ ka ọ n'ewerekwa ike ya niile duru ha igosipụta ndụ ajụọ-omume ha. Ọ bụrụ na amara nke Chineke na ihè nke ezi-okwu ya gbazere ndụ nke anya-uku, na onwe-onye ndịa na nwa oge nta, na ha enwetaghịkwa nmeri zuru oke n'ihe ndịa, mgbe ha n'anọghịkwa n'okpuru nhukụ nke nzọpụta, Ekwensu g'abata kwa ma hipu ịdị-mma na ụkpụrụ ọm'ọbụla, ma ha g'eche, na ha g'alụ ọlụ karịrị akarị. Ha g'ada mba ime

ihe oma ma chefuekwa ihe niile gbasara aja ukuu ahụ nke Jisọs chụrụ n'ihi ha, ịgbapụta ha site n'ike nke Ekwensu, na ndụ ahụhụ n'enweghị olileanya.

Ekwensu were ohere nke anya-uku Judas, na ndụ onwe onye ya, ma duru ya ịtamụ ntamụ megide otite manụ ahụ nke Meri jiri dozie arụ Jisọs. Judas lere ya anya dịka oke ịla n'iyi; a ka ere ya were ego ya nye ndị ogbenye. O nweghịkwa nlekụrụ-anya n'ebe ndị-ogbenye nọ, kama ọ hụrụ onyinye afọ-ọma ahụ e nyere Jisọs dịka oke nmefu. Judas kwere onye nwe ya ọnụ-ahia dịka ọ zụrụ ya ire ya mkpụrụ ọla-ọcha ole na ole. A hụkwara m na ufọdụ ndị dịka Judas n'etiti ndị sị na ha n'echere onyenwe ha. Ekwensu bụ onye na'tụrụ ha ụka, ma ha amataghị ya m'ọli. Ọ bụghị ntụpọ nke anya-uku m'ọbụ onwe onye ka Chineke pụrụ ile-anya ebere. Ọ kpọrọ ya asị, ọ n'emekwa ekpere na arịrịọ ndị niile nwere ya ihe efu. Dịka Ekwensu hụrụ na oge ya dị mkpirimkpi, ọ n'edu ha n'ime onwe onye karị, n'ime anya-uku karịrị akarịkwa, ma ñuriakwa mgbe ọ n'ahụ ka ha nọ naanị n'ime onwe ha, e kpudoro ihe, n'ime ụkọ, na onwe-onye.

Asị n'apụrụ imeghe anya nke ndị dị otua, ha ga ahụ Ekwensu na nmeri dị egwu, ka ọ na añụrị n'isi ha, na achịkwa ọchị n'amaghị ihe nke ndịa niile kwenyere na ntụm'aka ya, ma banyekwa n'ọnya ya niile. Mgbe ahụ ya onwe ya na ndị mụọ-ozi ya ga ewere ajụọ-omume na anya-uku nke madụ ndịa, che n'iru Jisọs na ndị mụọ-ozi dị nsọ, ma sitekwa n'ịta-ụta kwue, Ndịa bụ ndị n'eso ụzọ Kraist! Ha na ejikere ka a kpọrọ ha laa n'eluigwe! Ekwensu n'eleta ụzọ ọjọọ ha niile, ma werekwa ya na atụnyere akwụkwọ-nsọ, n'agba niile nke kwugịdere ihe ndịa, nụzọ were anya, ma werekwa ya che n'iru ikpasu ndị mụọ-ozi nke eluigwe iwe, na asị, Ndịa n'eso Krasit na okwu ya! Ndịa bụ mkpụrụ nke àjà Krasit na mgbapụta ya! Ndị mụọ-ozi wee wezuga iru ha site nọnọdụ ọjọọ dị otua. Chineke chọro ka ndị ya nọgide n'ime oke nke ha mgbe niile, ma mgbe ha dara mba n'ezi-omume, ya onwe ya na adakwa mba n'ebe ha nọ.

A hụrụ m na ọjọrọ-njọ n'anya Chineke ihụ ọbụna ntakịrị onwe onye n'arụ ndị n'akpọkụ áhà ya, ndị Jisọs nyere ndụ ya dị oke ọnụ-ahia n'ihi ha. Madụ ọbụla nke nwere onwe onye, na anya-uku g'adapụ n'ụzọ. Dịka Judas, onye rere onye nwe ya, ha g'ererkwa ukpụrụ oma niile, na ndụ ọma ha niile, n'ihi ntakịrị jụrụ nke ụwà. Ụdị ndị a niile ka a ga yọpu sitre n'etiti ụmụ Chineke. Ndị niile chọro eluigwe, aghaghị, site n'ume niile nke ha nwere, ikwado ụkpụrụ niile nke eluigwe. Ma kama nkpụrụ-obi ha ga ada site n'onwe onye, ha ga agbasa agbasa nịdị mma, ma ohere ọbụla g'abụ iji gaa-n'iru n'omume oma n'ebe madụ n'ibe ya nọ, ma na'abukwa, n'etokwa-eto n'ime ụkpụrụ niile nke eluigwe. E guzoro Jisọs n'iru m dịka ihe atụ zuru oke. Ndụ ya bụ nke ọchịchọ onwe-onye n'adịghị, bụrụkwa nke a hụrụ n'enweghị ikpa-oke ọbụla n'omume nke ihụnanya.

Isi Nkɛ 32—Nkwagharị Ahụ

Ahụrụm ụfọdụ ndị nwere okwukwe sịrị ike na akwakwa akwa dị-ilu, n'arịọkwa Chineke arịrịọ. Iru ha gbarụrụ agbarụ, ma jupụtakwa n'oke echiche, nke gosipụtara ndọli nke ime-mụọ ha. A na ahụkwa nguzosike na ikwesi ntụkwasi-obi n'iru ha, ọbụna mgbe ọkpụrụkpụ ọsụsọ n'esite n'egedege iru ha, n'adapụ. N'ogea na oge ọzọ iru ha na enwupụta site n'akara nke iru-ọma Chineke, ma n'otu mgbekwa ọnọdụ nro ahụ, nke ichọsi ihe ike, na ọnụ-ọkụ nke obi biakwasikwara ha.

Ndị mụọ-ọjọọ gbara ha gburu-gburu, na akwagide ha n'ọchịchịrị ha, iwepụ Jisọs n'anya ha, ka e wee dọrọ anya ha nye ọchịchịrị ahụ gbara ha gburu-gburu, ka ha wezuga ntụkwasị-obi ha na Chineke, ma nwee ntamụ megide Ya. Naanị nchekwa ha bụ ilekwasi anya ha n'elu. Ndị mụọ-ozi ka e nyere iwu ilekọta ndị nke Chineke, ma dịka ọnọdụ ọjọọ a nke sitere na nrụgide nke mụọ-ọjọọ ndịa gbara gburu-gburu, ndị mụọ-ozi ndịa, e nyere iwu ilekọta ha, n'ekpugidekwa ha mgbe niile site na nku ha n'aghasasikwa ike ọchịchịri ahụ gbara ha gburu-gburu.

ụfọdụ, ndị m hụrụ, esoghịkwa n'ọlu nke arịrịọ obi ntiwa nka. Ha dịka ndị n'ọgbasaghị n'ejighịkwa ya kpọrọ ihe. Ha adighịkwa emegide ọchịchịrị ahụ gbara ha gburu-gburu, o wee kpuchigide ha dịka ọkpụrụkpu igwe ojii. Ndị mụọ-ozi nke Chineke rapụkwara ha, wee je inyere ndị ahụ n'ekpesi ekpere ike aka. A hụrụ m ndị mụọ-ozi nke Chineke ka ha jere ọsọsọ inyere ndị niile ahụ aka bụ ndị ahụ ji ike ha niile n'agba ụlighịlị megide mụọ-ọjọọ ndị ahụ, n'achọkwa inyere onwe ha aka site n'ikpọku Chineke n'ogologo ntachị-obi. Kama ndị mụọ-ozi ahụ rapụrụ ndị niile n'emeghị mgbali ọbụla inyere onwe ha aka, ha punarikwara m n'anya.

Ka ndịa n'ekpe ekpere nọgidesịrị ike na akwa ha, mgbe ụfọdụ ihè okụ sitere na Jisọs biakwasịrị ha, n'agbakwa obi ha ume, ma mesaakwa iru ha.

M wee jụa ihe nka pụtara bụ nkwagharị ahụ nke m hụrụ, e gosịrị m na ihe g'akpata ya bụ ezi-àmà ahụ e kwupụtara site n'ọnụ onye-àmà ezi-okwu ahụ nye ndị Laodecia. Ọ g'enwe nhukụ ya n'ime obi onye n'anara àmà ahụ, ọ g'edurukwa ya ibuli ogo ya ma wụsakwa ezi-okwu ahụ guzoziri eguzozi. Ama nka guzoziri eguzozi ka ụfọdụ n'agaghị anagide. Ha g'ebili megide ya, ma nka g'akpata nkwagharị n'etiti ndị nke Chineke.

A hụrụ m na àmà nke onye ezi-àmà ahụ a k'abụghị ihe a ñara ntị rue ọkàrà ya. Ama ahụ dị nro nke bụ ndabere ndụ nke nzukọ, ka a kpọrọ ihe efu, ma jụkwa. Ama nka aghaghị ilụ ọlụ nchegharị dị omimi, ma ndị niile natara ya n'ezie, g'aña ya ntị, ma bụrụkwa ndị e mere ka ha dị ọcha.

Mụọ-ozi ahụ wee sị gee ntị! Na ngwa-ngwa a nụrụ m olu nke dara dịka ọtụtụ ihe abu dị iche-iche, nke n'adakọta ọnụ n'ima-mma, dịkwa ụtọ na ntị. Ọ karịrị abụ ọbụla nke m

nụworo na ndụ. Ọ dị ka ihe jupụtara n'ebere, ọmiko, nwụli-elu, na ọñụ dị nsọ. Ọ kpaliri arụ m niile. Mụọ-ozi ahụ wee sị, Lee anya! E wee tụgharia uche m n'ebe ọgbakọ ahụ nke m hụworo na mbụ, bụ ndị a kwagharịrị nke ukuu. E gosịrị m ndị m hụworo na mbụ mgbe ha n'akwa akwa, n'ekpekwa ekpere n'obi ntiwa. A hụrụ m na ọgbakọ nke ndị mụọ-ozi n'eche ha nche mụbara amụba, na eyibekwara ha ihe-agha site n'isi ha rue n'ụkwụ ha. Ha n'agakwa n'usoro dị mma, nwekwa obi-ike dịka otu ndị-agha. Iru ha gosipụtara oke nkpagbu nke ha nagideworo, na ndọlị anya-miri nke ha gabigawokwara. Ma ọdịdị ha, nke jupụtaworo n'ihe mgbu nke obi, n'enwụkwa ugbua site na ihe nke ebube nke eluigwe. Ha e nwetawo nmeri, nke mere ka ha nwee obi ekele dịkarị omimi, na ọñụ dị nsọ.

Ọnụ-ọgụgụ nke ọgbakọa adiwo nta. Ụfọdụ abuwo ndị a kwapụrụ, ma rapụ n'akụkụ ụzọ. Ndị ahụ n'ejighị ihe kpọrọ ihe, n'esoghịkwa ndị ji nmeri na nzọpụta ha kpọrọ ihe nke oma ma nọgidesiekwa ike n'ikwa akwa n'arịrịọ, e nwetaghị ya, kama a rapụrụ ha n'azụ n'ime ọchịchịrị, ma ọnụ-ọgụgụ ha ka e mejupụtakwara mgbe ahụ site na ndị ọzọ na ejide ezi-okwu ahụ, n'abatakwa n'ọgbakọa. Ndị mụọ-ọjọọ ahụ nọkwa n'arugide ha gburu-gburu, kama ha enweghịkwa ike ọbụla n'ebe ha nọ.

A nụrụ m ka ndị ahụ e yikwasịrị ihe-agha na ekwupụta ezi-okwu ahụ n'ike nke ukuu. O nwere ezi nhukụ. A hụrụ m ndị e keworo agbụ, ụfọdụ ndị nwụnye ka dị ha keworo agbu, ma ụfọdụ ụmụ ka ndị mụrụ ha kekwara agbụ. Ezi onye ọbụla nke e gbochiworo ịnụ ezi-okwu ahụ, ji ọnụ-ọkụ nke obi ugbua n'ejidesi ezi-okwu ahụ e kwuru ike. Itụ ụjọ niile nke ndị ezi-n'ụlọ agasiwo. Naanị ezi-okwu ahụ ka a n'ebuliri ha elu. Ọ dịrị ha mma dịkwara ha oke ọnụ-ahia karị ndụ. Agụọ ezi-okwu ahụ agụwo ha, akpịrị akpowọkwa ha nkụ. A jụrụ m ajụjụ ihe kpatara oke ngbanwe nka. Otu onye mụọ-ozi zara sị, ọ bụ miri ozụzọ nke ikpeazụ; nwụgharị ọhụụ nke sitere n'iru Onyenwe-anyị; oke iti-mkpu nke mụọ-ozi nke ato ahụ.

Ike ukuu dinyere ndị ahụ a rọpụtara. Mụọ-ozi ahụ sịrị, Lee anya! A tụgharịrị uche m n'ebe ndị nmebi-iwu ahụ nọ, ma ọ bụ ndị n'ekweghịekwe. Ha niile ka a kpaliri. Chineke akpliwo ha ma mesuekwa ha iwe. Ọgbaghara, ọgbaghara, dị n'akụkụ niile. A hụrụ m ọtụtụ ihe e mere megide ọgbakọ nka, ndị nwere ike na ihe nke Chineke. ọchịchịrị gbachigidere ha gburu-gburu, ma ha guzokwa ebe ha nọ, Chineke kwadoro ha, ha na atụkwasikwa Ya obi. A hụrụ m ka ha nwere mgbagwoju-anya. Emesia m wee nụ ka ha n'etikusi Chineke mkpu ike. Ogologo ehihe na abalị ka akwa ha n'akwusighị kwa. A nụrụ m okwu ndịa, Ka emee uche gị, Chineke! Ọ bụrụ na ọ g'eneye áhà gị otuto, mere ndị gị ụzọ mgbapụ. Zọpụta anyị site n'aka ndị n'amaghị Chineke gbara anyị gburu-gburu. Ha ewerewo anyị nye ọnwụ; ma aka gị pụrụ iweta nzọpụta. Ndịa bụ okwu niile m pụrụ ikpọta n'echiche. Ha dị ka ndị mazuru na ha abụghị ihe ọbụla, ma gosipụta onwe ha ịnọ n'okpuru uche nke Chineke. Ma otu ọdị, madụ niile, onye ọbụla nọgidesịrị ike n'arịrịọ, n'agbakwa mgba dịka Jekọb ka a zọpụta ya.

Na ngwa-ngwa mgbe ha malitere akwa, ndị mụọ-ozi, n'obi-ebere ha karịdata izọpụta ha. Kama otu mụọ-ozi topụrụ etọpụ nke na enyekwa iwu gbochiri ha. Ọ sịrị, uche nke Chineke a kemezughị. Ha aghaghị iñụ site n'iko ahụ. Ha aghaghị ibu ndị e mere baptizim ahụ.

Na ngwa-ngwa, a nụrụ m olu nke Chineke, nke mere ka eluigwe na elụwà kwaa ènèkè. Oke àlà ọma jijiji mara. Ọtụtụ ụlọ ka a kwatụrụ, nke dara n'akụkụ niile. Mgbe ahụ a nụrụ m iti-mkpu nke nmeri, n'oke olu, nke ụda abụ dịkwa ụtọ na ntị. Elegịdere m anya n'ọgbakọ ahụ ndị, na ntakịrị oge gara-aga, nọ n'oke ida-mba na nkpagbu. Ọnọdụ nke oru ha a tụghariwo. Ihè nke ebube awakwasiwọkwa ha. Lee ka ọdịdị ha magburu onwe ya mgbe ahụ. Ike ogwụgwụ niile n'akara niile nke ndọgbụ onwe-onye agasiwo. Ndụ ahụ ike na ịma-mma ka a n'ahụ n'iru onye ọbụla. Ndị-iro ha niile, na ndị n'ekpere arụsi gburu-gburu, dasịrị dịka ndị nwụrụ-anwụ. N'ihi na ha apụghị ịnagịde ihè ahụ nke wakwasịrị ndị nsọ ahụ, a gbapụtara. Ihè nka n'ebube a nọgịdere n'arụ ha, rue mgbe a hụrụ Jisọs n'igwe-ojii nke eluigwe, na ndị ahụ kwesịrị ntukwasị-obi, bụ ọgbakọ ahụ a nwaputsịrị ka e nwoghara out mgbe, n'otu ntabi anya, site n'ebube rue n'ebube. Ili niile ka e meghekwara na ndị nsọ pụtasịrị, e yikwasịkwara anwụghị-anwụ, n'eti-mkpu nmeri megide ọnwụ na ili, ma ha na ndị nsọ dị ndụ, ka e welikọrọ izute onye nwe ha n'elu; mgbe ọtụtụ olu abụ nke nmeri, jupụtara n'ebube nọ n'ire ha n'otu n'otu, na erupụtakwa site n'egbugbere-ọnụ ndịa niile, e doro nsọ.

Isi Nke 33—Ajụọ-Omume Di Iche-iche Nke Babịlon

Ahụrụ m ọnọdụ nke nzukọ dị iche-iche site na mgbe mụọ-ozi nke abụa kwusara ọdịda ha. Ha nọkwa n'aba ụba n'ọrụrụ ha; ma n'azakwa áhà ndị n'eso ụzọ Kraist. A pụghị ihụta ọdị-iche dị n'etiti ha na ndị-ụwà. Ndị ozi ha na ewere ngụpụta ha site n'okwu ahụ, kama n'ekwusa ihe ụtọ dị iche-iche. Obi nke n'achị onwe ya enweghị ihe ọbụla megide nka. Ọ bụ naanị mụọ na ike nke ezi-okwu ahụ, na nzọpụta nke Kraist, ka obi anụ-arụ kpọrọ asị. Ọ dighị ihe ọbụla nke dị n'ozi ọha-n'eze na akpasu ọnụma nke Ekwensu, mee ka onye nmehie maa jijiji, m'ọbụ mekụrụ obi na akọ-n'uche banyere ihe ụjọ nke dị n'ikpe n'abia n'oge n'eteghị anya. Ndị ajụọ-omume n'enwe ihe ụtọ n'ihe ọbụla nke n'enweghị ọdịdị Chineke, ha g'anoyekwara ma kwadokwa okpukperechi dị otua.

Mụọ-ozi ahụ wee sị, ọ dighị ihe ọbụla dị nta karị ihe-agha niile nke ezi-omume pụrụ imeri, ma jidesiekwa nmeri ahụ ike megide ike niile nke ọchịchịrị. Ekwensu ejidewo nzukọ ndịa niile n'aka ya. Okwu-ọnụ na omume nke ụmụ madụ ka a n'elekwasi anya karị ezi-okwu niile pụtara ihè nke okwu Chineke. Mụọ-ozi ahụ wee si, enyi nke ụwà na mụọ ya dị n'iro n'ebe Chineke nọ. mgbe ezi-okwu na ịdị mfe ya na ike ya, dịka ọ dịkwa n'ime Jisọs, pụtara megide mụọ nke ụwà, ọ n'akpote mụọ nke mkpagbu n'otu oge ahụ. ọtụtụ, ọtụtụ madụ n'ezie, ndị sị na ha bụ ndị nke Krasit, a k'amataghị Chineke. Agwa nke obi anụ-arụ a kagbanweghị, n'echiche nke anụ-arụ n'adịgide n'iro ya na Chineke. Ha bụ ndị ọlụ nke Ekwensu kwesịrị ntụkwasi obi, n'agbanyeghị na ha n'aza áhà ọzọ.

A hụrụ m na site na mgbe Jisọs rapụworo ebe nsọ nke eluigwe, ma banyekwa n'ime ihe mgbochi nke abụa, nzukọ niile ndị a ka a rapụkwara dịka a rapụrụ ndị Juu; ma ha n'ejupụtakwa site n'ajụọ nnụnụ ọbụla n'adighị ọcha. A hụrụ m oke nmebi na ọrụrụ n'ime ụlọ nzukọ dị iche-iche; ma ha na ekwukwa na ha bụ ndị nke Kraist. Nkwupụta ha niile, ekpere ha na ọkpụkpọ-oku ha niile, bụ ihe arụ n'anya Chineke. Mụọ-ozi ahụ sịrị, Chineke a gaghị e sitụ imi n'ọgbakọ ha ọbụla. Onwe-onye, nghọgbu na nduhie ka ọlụ ha bụ n'agụghị omụma-ikpe nke obi. Ma n'elu ndụ ajụọ-omume ndịa niile ka ha na eyikwasị ọdịdị nke okpukperechi. E gosịrị m ngàngà nke nzukọ ndịa niile. Chineke adighịkwa n'echiche obi ha; kama uche nke anụ-arụ ha n'adabere n'onwe ha. Ha n'achọ anụ-arụ ha mma, ma na elekwaskikwa onwe ha anya n'ojuju afọ na obi añụrị. Jisọs na ndị mụọ-ozi lekwasịrị ha anya n'iwe. Mụọ-ozi ahụ sịrị, nmehie ha niile na ngàngà ha erutewo eluigwe. E doziwọkwara ha oke nke ha. Ezi-okwu na ikpe ziri-ezi a dawo ri n'ụra ogologo mgbe, ma ọ g'etetakwa n'oge n'eteghị anya. Ibọ-ọbọ bụ nkem, m ga akwụghachikwa, ka Onyenwe-anyị kwuru. Iba mba ahụ dị oke egwu nke mụọ-ozi nke atọ kwesịrị ka e mezuo ya, ma ha g'añụkwa iko nke ọnụma Chineke. Igwe ndị mụọ-ọjọọ n'apụghị igụta ọnụ n'agbasa onwe ha n'àlà niile. Ha ejupụtawọkwa na nzukọ dị iche-iche na otu okpukperechi dị iche-iche. Ha n'elekwa ọlụ okpkperechi ndịa anya ọñụ nke nmeri ha; n'ihi na okpukperechi ka ha yikwasịrị n'elu oke nmekpu ha n'ajụọ-omume ha niile.

Eluigwe niile n'elekwasị anya n'oke iwe, madụ, ọlụ-aka Chineke ka e wedakasịrị àlà, ma dote n'ogo nke okike nzuzu nke sitere n'aka madụ ibe ya. Ma ndị sị na ha bụ ndị n'eso onye-nzọpụta ahụ obi-ebereị ya kpaliri mgbe ọ n'ele ọnọdụ ahụhụ nke madụ, jikwa obi ha tinye aka n'ụdi nmehie ukuu nka, n'agba oru na mkpụrụ-obi nke ụmụ madụ. Ndị mụọ-ozi edewo ha niile. E dere ya n'akwụkwọ. Anya miri nke ndị-oru nwoke na ndị-oru nwanyị, nke ndị Nna, na nke ndị nne na ụmụ, nwanne ndị nwoke na nwanne ndị nwanyị, ka a gbakọrọ n'otu n'eluigwe. Ihe mgbua, obi mgbu nke madụ, ka a na ebụgharị site n'otu ebe rue ebe ọzọ, ma n'azu, na n'erekwa. Chineke g'ejide iwe ya naanị nwoge ọzọ. Iwe ya n'ere ọkụ megide obodo nka, karịsia megide ọlụ okpukperechi ndịa kwenyere, ma inyekwa aka n'onwe ha n'udi izu ahia nka jọgburu onwe ya. Ụdị omume ọjọọ nka, ụdị nmegbu nka, ụdị nhuju-anya nka, ọtụtụ ndị sị na ha n'eso ụzọ nke Jisọs onye dị nwayọ n'obi, nke wedakwara onwe ya àlà n'obi, pụrụ ilegide ọnọdụ nka anya dịka ọ gbasaghị ha. Ma ọtụtụ ha pụrụ inwe ojuju- afọ, na iji aka ha tụkwasị ihe mgbu ndịa n'enweghị ọnụ okwu, ma n'efekwa Chineke. Ọ bụ ikwa-emo dị nro, nke Ekwensu na añurikwa n'elu ya, n'atakwa Jisọs na ndị mụọ-ozi ya ụta n'ihi ekwesighị ekwesị ndịa, ma n'ejikwa nñụrị-ọñụ nke nmeri ya n'asị, ndị dị otua bụ ndị n'eso ụzọ Kraist!

Ndịa sị na ha bụ ndị nke Kraist gụrụ akụkọ banyere ntaramahụhụ nke ndị-ozi e gburu egbu, nke gbara ha anya-miri. O juru ha anya na ụmụ madụ pụrụ inwe ụdị obi sịrị ike otua nke ha g'eji meso madụ ibe ha ụdị omume nka, mgbe ha onwe ha n'otu oge ahụ n'ejidekwa madụ ibe ha n'oru. Ma Ọ bụghị naanị nka. Ha n'egbochi nmekọrite niile nke ọnọdụ, ma n'akpagbukwa madụ ibe ha site n'ụbọchị rue n'ụbọchị. Ha pụrụ iti madụ ibe ha ihe otiti karịsịrị njọ site n'obi-ọjọọ n'ewepụghị aka, nke a pụrụ iji tụnyere ụdị mkpagbu obi-ọjọọ nke ndị Pop na ndị n'ekpere arụsị mesoro ndị n'eso ụzọ Kraist. Mụọ-ozi ahụ wee sị, ọ g'adi mfe nye ndịa na ekpere arụsị na ndị Pop niile n'ụbọchị ikpe nke Chineke karị ụdị madụ ndịa. Akwa niile na nhụju-anya niile nke ndị a n'akpagbu-akpagbu eruwo eluigwe, ma ndị mụọ-ozi n'eguzo n'iju-anya banyere obi-ike na nhuju-anya n'enweghị ọnụ okwu nke madụ dị n'oyiyi nke onye kere ya n'akpatara madụ ibe ya. Mụọ-ozi ahụ wee sị, áhà niile nke ndịa ka e dere n'ime ọbara, nke a kachirị ihe site n'ụtarị, ma gbajuekwa ya site n'anya miri nke ihe mgbu, na nhuju-anya. Iwe Chineke agaghịkwa akwụsị rue mgbe o mere ka àlà nke ihe ñụchapụ iko nke ọnụma ya, ruekwa mgbe ọ kwụghachiri Babilọn ụgwọ-ọlụ ya okpukpu abụa. Kwụghachị ya ọbụna dịka ọ kwụghachiri gị, okpukpu abụa nye okpukpu abụa ya dịka ọlụ ya niile sị dị: n'ime iko nke ọ gbajuworo, a g'agbajukwa ya okpukpu abụa.

A hụrụ m na onye n'agba oru g'aza ajụjụ nkpụrụ obi oru ya onye o jideworo n'amaghị ama ; ma nmehie niile nke oru ahụ ka a g'atụkwasị n'isi onye nwe ya. Chineke a pụghị ịkpọrọ oru ahụ la n'eluigwe, onye e doteworo n'amaghị ihe ọbụla na ọnọdụ ihe efu, n'amaghị ihe ọbụla banyere Chineke, m'ọbụ akwụkwọ-nsọ, nke n'atụ naanị ụjọ ụtarị onyenwe ya, n'enweghịkwa ọbụna ogo nke anụmanụ Nna ya uku. Kama ọ g'emere ya ihe kacha mma nke Chineke onye obi-ebere pụrụ ime. Ọ n'emekwa ka ọ dị mgbe ọ dịka asị na

ọdịghị; mgbe onye nwe ya g'ata ahụhụ ihe otiti asaa nke ikpeazu ahụ, ma biliekwa na nbilite n'ọwu nke abụa ahụ, ma taakwa ahụhụ ọnwụ nke abụa jọkarịrị njọ. Mgbe ahụ ka iwe nke Chineke g'adajụ.

Isi Nkɛ 34—Okɛ Iti-Mkpu Ahụ

Ahụrụ m ndị mụọ-ozi ka ha ji ọhụhụ n'ejegharị ọpụpụ na mbata n'eluigwe. Ha n'arịdata n'elu ụwà, ma n'arịgokwa ọzọ n'eluigwe, n'ejikere n'ihi nmezu nke ụfọdụ ihe omume dị mkpa. Mgbe ahụ a hụrụ m mụọ-ozi ukuu ọzọ e nyere ọlụ nke ịrịdata n'ụwà, ma jikọta ọlụ ya na nke mụọ-ozi nke atọ ahụ, ma nyekwa ike na nkwado na ozi ya. Ike na oke ebube ka e yikwasịrị mụọ-ozi ahụ, ma ka ọ na a ridata, ihè wakwasịrị elu ụwà site n'ebube ya. Ihè nke gara n'iru na nke n'esọkwa n'azụ mụọ-ozi a, nwunyere ebe niile, dịka ọ n'eti mkpu dị ukuu site n'olu-ike, n'asi, Babilọn ukuu ahụ a dawo, ọ dawo, ọ bụrụwokwa ebe obibi nke ndị mụọ-ọjọọ, na ụlọ nke mụọ niile n'adighị ọcha, na ụlọ nkpọrọ nke nnụnụ niile n'adịghị ọcha nke a kpọkwara asị. Ozi nke ọdịda Babilon, dịka mụọ-ozi nke abụa nyere ya, ka e nyekwara ọzọ, tinyekwara ọrụrụ niile nke n'abanye n'ime nzukọ site n'oge 1844. Ọlụ nke mụọ-ozia batara n'oge dị mma, n'ejikwọkwa na oke-ọlụ ikpeazụ nke ozi mụọ-ozi nke atọ ahụ, dịka ọ na amubanye n'oke itimkpu. Ma ndị nke Chineke ka ọ n'edozi ebe niile i guzoro n'oge-awa nke ọnwụnwa nke ha g'ezute n'oge n'eteghị-anya. A hụrụ m ihè ukuu ka ọ n'awakwasị ha, ka ha niile jikọrọ ọnụ n'ozi ahụ, ma sitekwa na atụghị-ụjọ ọbụla kwusaa a ozi mụọ-ozi nke ato ahụ n'ike.

E zipukwara ndị mụọ-ozi inyere mụọ-ozi ukuu ahụ si n'eluigwe aka, ma a nụkwara m ọtụtụ olu nke dịka ọ n'ada ebe niile, si nụ n'ime ya pụta, ndị nkem, ka unu ghara isoro ya n'ime nmehie ya niile, ka unu gharakwa inata ihe otiti ya; n'ihi na nmehie ya niile eruwo eluigwe, ma Chineke echetawọkwa ajụọ-omume ya niile. Ozi nka dịka ozi ntụkwasị n'elu ozi nke ato ahụ, ma kekọtakwa ya, dịka mkpu etiti-abali ahụ kekọtara n'ozi mụọ-ozi nke abụa ahụ na 1844. Ebube nke Chineke nọkwasịrị ndị-nsọ ahụ nwere ntachi-obi, n'echekwa, na ha ji atụghị egwu ọbụla nye ịdọ aka na ntị ikpeazu ahụ dị nro, n'ekwupụta ọdịda nke Babụlọn, ma n'akpọkwa ndị nke Chineke ka ha si n'ime ya pụta; ka ha gbanarị nbibi ya dị oke egwu.

Ihè ahụ nke wakwasịrị ndị ahụ nọ na nche wanyekwara ebe niile, ma ndị niile nwere ihè ọbụla na nzukọ niile, ndị na k'anụghị ma ju ozi atọ ndịa, zara oku a, ma rapụ nzukọ ndịa dárá-adà. Ọtụtụ abiaruwo ogologo oge nke nhazi site na mgbe e nyeworo ozi ndịa, na ihè ahụ wakwasịrị ha, ma ha nwere ohere ihọrọ ndụ m'ọbụ ọnwụ. Ụfọdụ họọrọ ndụ, ma gụzorokwa n'etiti ndị niile n'ele anya Onyenwe ha, ma n'edebekwa ihe niile O nyere n'iwu. Ozi nke atọ ahụ g'alụ ọlụ ya; madụ niile ka a n'anwale site na ya, ma ndị niile dị-ọcha ka a g'akpọppụta site n'okpukperechi dị iche-iche. Ike nke n'arugịde arugịde na akwali onye ziri ezi, mgbe ngosipụta nke ike Chineke n'ejide ndị ezi-n'ụlọ na ndị enyi n'itu-egwu, nke n'ọdịghị mgbe ha g'anwa, m'ọbụ nwe ike, igbochi ndị niile olu Mụo-nsọ nke Chineke metụrụ obi ha. Oku ikpeazu ahụ ka e bugara ọbụna nye ndị orù, ma ndị nwere okpukperechi n'ime ha, site na okwu nnweda-n'àlà, na abụ-abụ nke inwebiga ọñụ oke na olileanya nke mgbapụta ha, ma ndị nwe ha a pụghị ikwụsi ha; n'ihi na ụjọ na ngbọgwoju

anya mechiri ha ọnụ. Ihe iriba àmà ukuu dị iche-iche ka e mere, a gwọrọ ndị ọria, ma ọlụ-ebube ha dị iche-iche soro ndị kwere ekwe. Chineke nọ n'ọlụ a, ma onye nsọ ọbụla, n'atụghị egwu ihe nlụpụta ọbụla, sọkwara ntụzi-aka nke akọ-n'uche ya, ma n'ejikọkwa onwe ya na ndị ahụ n'edebe iwu niile nke Chineke; ha niile wee n'ekwusa ozi nke atọ ahụ n'ike. A hụrụ m na ozi nke atọ ahụ g'emechi site n'ume na n'ike nke karịrị mkpu etiti-abali ahụ.

Ndị oru nke Chineke, e mejupụtara n'ike nke sitere n'elu, ndị ihè wakwasịrị n'iru ha, nke na enwụkwa n'odịdo nsọ, gara n'iru iluzu ọlụ ha, n'ekwusakwa ozi ahụ nke sitere n'eluigwe. Mkpụrụ obi niile ndị gbasara n'òtù okpukperechi niile dị iche-iche zakwara òkua, na ndị dị oke ọnụ-ahia mere ngwa-ngwa gbapụta site na nzukọ ndị a n'àlá n'iyi, dịka Lọt mere ngwa gbapụta site na Sọdọm tutu mbibi ya. Ndị nke Chineke ka e doziworo ma gbaakwa ume site n'ebube ahụ magburu onwe ya nke dakwasịrị ha n'uju, n'akwado ha inagịde oge-awa nke ọnwụnwa. Ọtụtụ olu ka m nụrụ ebe niile, n'asi, n'ebea ka ntachi obi nke ndị nsọ dị; ndịa bụ ndị n'edebe ihe Chineke nyere n'iwu, na okwukwe nke Jisọs.

Isi Nke 35—Ozi Nke Ato Ahụ Mechiri

ATụụrụ m aka rue n'oge mgbe ozi mụọ-ozi nke atọ ahụ n'emechi. Ike nke Chineke a nọkwasiwọkwa ndị ya. Ha a luzuwokwa ọlụ ha, ma nọrọkwa na njikere nye oge-awa ọnwụnwa ahụ chere ha n'iru. Ha a natawokwa miri-ozuzo nke ikpeazụ ahụ, m'ọbụ nwugharị ọhụụ nke sitere n'iru Onyenwe-anyị, na ezi-àmà ahụ dị ndụ ka a tutekwara. Idọ-aka na ntị ukuu nke ikpeazụ ahụ adawo ebe niile, ọ kpaliwọkwa ma kpasuekwa ndị bi n'elu ụwà iwe, ndị n'adighị anara ozi ahụ.

A hụrụ m ndị mụọ-ozi ka ha ji ọhụhụ n'ejegharị n'ime eluigwe. Otu mụọ-ozi lọtara site n'ụwà, na ejide ihe ode-akwụkwọ n'akụkụ ya, ma kọọrọ Jisọs na ya a lụzuwo ọlụ ya, na a gụwo ndị-nsọ niile ọnụ ma kaakwa ha ákàrà. Mgbe ahụ A hụrụ m Jisọs, onye nọrị n'eje ozi n'iru igbe ahụ e tinyere iwu-iri Chineke, ka ọ wụsara ihe nsure-ọkụ ahụ n'esi isi-ụtọ. O wee welie aka ya abụa elu, ma were oke-olu sị, e mewo ya. Ụsụụ ndị mụọ-ozi niile wee kpupụ okpu-eze ha mgbe Jisọs mere nkwupụta ahụ dị nro, onye n'eme ajụọ-omume, ka o mee ajụọ-omume ya gaa n'iru; onye rukwara inyi, ka o rue inyi gaa n'iru; onye ezi-omume, ka o mee ezi-omume gaa n'iru; onye dịkwa nsọ, ka ọ dị nsọ gaa n'iru.

A hụrụ m na ikpe ọbụla ka e kpebiworo mgbe ahụ nye ndụ m'ọbụ ọnwụ. Jisọs ehichawo nmhehie niile nke ndị Ya. Ọ narawo àlà-eze Ya, nkpuchi-nmehie ka o nwekwara nye nkpụrụ niile nke àlà-eze Ya. Mgbe Jisọs n'eje ozi n'ebe nsọ ahụ, ikpe n'agakwarị n'iru n'isi ndị ezi omume nwụru-anwụ, na n'isi ndị ezi omume dị ndụ. Nkpụrụ niile nke àlà-eze ka e mejupụtara. Ọlụlụ dị na nwụnye nke nw'atụrụ ahụ gwusịrị. Ma ala-eze ahụ, ịdị ukuu nke àlà-eze ahụ n'okpuru eluigwe niile, ka e nyere n'aka Jisọs, na ndị nketa nke nzọpụta, ma Jisọs bụ onye g'achị dịka Eze nke ndị-eze niile, na Onyenwe nke ndị-nwe niile.

Ka Jisọs pụtara site n'ebe nsọ nke kachasị ebe-nsọ, a nụrụ m ụda mgbarimgba niile dị n'ihe ngbọkwasị ya, ma ka ọ rapụrụ, igwe-ọchịchịrị kpuchiri ndị niile bi n'elu ụwà. Mgbe ahụ ọ dighịkwa onye-ogbugbo dị n'etiti madụ ikpe mara, na Chineke onye e mehiere. N'oge Jisọs guzoworo n'etiti Chineke na madụ ikpe mara, ebere dịnyere ndị madụ; ma mgbe Jisọs zọpụrụ ụkwụ site n'etiti madụ na Nna ahụ, ebere ka e wepụkwara, Ekwensu wee buru onye n'atụrụ madụ ụka! Ọ bụghị ihe kwere omume ịwusa ihe otiti ndịa n'oge mgbe Jisọs n'eje ozi n'ebe nchụaja ahụ; ma dịka ọlụ ya gwụsịrị ebe ahụ, dịka nkwuchite-ọnụ ya mechiri, ọ dighịkwa ihe pụrụ igbochi iwe nke Chineke, nke n'etiwakwa n'ike n'isi onye nmehie ikpe mara, onye mere nzọpụta ihe efu, ma kpọkwa ịba-mba asị. Ndị nsọ niile n'oge ahụ dị oke egwu, na nmechi nke ọlụ ogbugbo Jisọs, n'ebi ndụ n'iru Chineke dị nsọ, n'enweghị onye n'arịọtara ha arịrịọ. Ikpe niile ka e kpebiri, ihe oke ọnụ-ahia ọbụla ka a gụrụ-ọnụ. Jisọs nọdụrụ nwa oge n'ụlọ mpụta nke ebe-nsọ nke eluigwe, na nmehie niile nke e kwupụtaworo mgbe ọ nọ n'ebe-nsọ kachasi ebe-nsọ, ka o bughachiri n'isi onye ahụ kpatara nmehie, bụ Ekwensu. O ghaghị ịta ahụhụ nke nmehie ndịa niile.

Mgbe ahụ A hụrụ m Jisọs ka O yipụrụ uwe nchụ-àjà ya, ma yikwasị onwe ya n'oke uwe nwụda ukuu onye-eze n'elu isi ya, ka ọtụtụ okpu-eze n'anọkwasịkwa, otu okpu-eze n'ime okpu-eze ma igwe ndị mụọ-ozi gbara ya gburu-gburu, ka ọ rapụrụ eluigwe. Ihe otiti ndị ahụ n'adakwasikwa ndị bi n'elu ụwà. Ụfọdụ n'ekwụtọ Chineke, n'abụkwa ya ọnụ. Ndị ọzọ gbakuuru ndị nke Chineke, ma riọ ka ezi ha otu ha g'esi gbanarị ikpe niile nke Chineke. Kama ndị-nsọ e nweghị ihe ọbụla nye ha. E hiworị anya miri ikpeazu n'ihi ndị nmehie, ekpere obi ntiwa ikpeazu ka e kpewọkwaara ha, ibu nke ikpeazu ka e buwọkwara. Olu ụtọ nke obi-ebere agaghị akpọkwa ha ọzọ. Okwu ịdọ-aka na ntị nke ikpeazụ ka e nyeworo rị. Mgbe ndị-nsọ, na eluigwe niile nwere nmasị n'ihi nzọpụta ha, ha egosighịkwa nmasị ọbụla n'ihi onwe ha. Ndụ na ọnwụ ka e cheworo n'iru ha. ọtụtụ chọrọ ndụ, kama ha alụghị ọlụ ọbụla inweta ya. Ha ahọrọghị ndụ, ma ugbua ọ dịghịkwa ọbara nkpuchi-nmehie nke e ji ehicha onye nmehie. Ọ dịghịkwa onye-nzọpụta obi-ebere g'ariọtara ha arịrịọ, iti-nkpu n'isi ha, rapụ, rapụ onye nmehie a nwa-ogologo oge ọzọ. Eluigwe niile ejikoworị aka ha na Jisọs, ka ha nụrụ nkpụrụ okwu ndịa n'atụ ụjọ; e mewo ya, o gwụsiwo. Atụmatụ nke nzọpụta abụrụwo ihe emezuru. Ma ole na ole nabatara atụmatụ ahụ. Ma dịka olu ụtọ nke obi-ebere ahụ na akwụsị ịda, oke ụjọ jidere ha. Site na ụda dị egwu ka nti ha nụrụ, Oge agafewo! Oge agafewo!

Ndịa niile n'ejighị okwu Chineke kpọrọ ihe jiri ọhụhụ na agbagharị iru na azu. Ha kpagharịrị site n'osimiri rue n'osimiri ọzọ, ma site n'ugwu rue ọwụwà-anyanwụ, ichọ okwu Onyenwe-anyị. Mụọ-ozi ahụ sịrị, ha agaghịkwa achọta ya. Ụnwụ dị n'àlà; ọbụghị ụnwụ nke ogbe-achịcha, m'ọbụ nke akpịrị miri-ọñụnụ, kama nke ịnụ okwu Onyenwe-anyị. Ọ bụ gịnị ka ha n'agaghị enye n'ihi otu nkpụrụ-okwu Chineke nabatara? Kama e-e, ha aghaghị inọgide n'aguọ na akpịrị-ịkpọ nkụ. Site n'ụbọchị rue n'ụbọchị ka ha mere nzọpụta ihe-efu, ma were ihe ụtọ nke ụwà, na akụ-n'ụba nke ụwà, kpọrọ ihe dị elu kama ihe nke eluigwe na akụ n'ụba ya. Ha ajụwo Jisọs, ma meekwa ndị-nsọ Ya ihe ọchị. Onye ruru inyi aghaghị inọgide n'iru-inyi rue ebighị-ebi.

Ndị karịrị n'ọnụ ọgụgụ n'ime ndị ajụọ-omume ka a kpasuru iwe nke ukuu, ka ha tara ahụhụ nke sitere n'ihe otiti ndịa. Ọ bụ ọnọdụ nke obi-ilu dị egwu. Ndị nne na Nna n'ama ụmụ ha ụta, ma ụmụ n'amakwa ndị nwe ha ụta, ụmụnne-nwoke megide ụmụnne-nwanyị, na ụmụnne-nwanyị megide ụmụnne-nwoke. Iti mkpu-akwa ka a n'anụkwa nakụkụ niile, ọ bụ gị gbochiri m ịnara ezi-okwu ahụ, nke ga azọpụtarị m site n'oge ọjọọ nka. Ndị madụ tụgharịrị n'ebe ndị-ozi nọ na nkpọrọmasị dị ilu, n'ata ha ụta, n'agwa ha, ị doghị anyị aka na ntị. Igwara anyị na ụwà niile ka a g'eme ka ha chagharia, ma tiekwa nkpu sị, udo, udo, ime ka ụjọ niile nke a kpaliri dajụa. I gwaghị anyị banyere oge-awa nka, ma ndị dọrọ anyị aka na ntị banyere ya ka unu sịrị na ha bụ ndị ọjọọ, na ndị nmehie, ndị ga ebibi anyị. Kama ndị-ozia niile, ka m hụrụ, agbanarịghị iwe nke Chineke. Nhụju-anya nke ha dị okpukpu-iri karị nke ndị ọzọ.

Isi Nke 36—Oge Nke Nsogbu Jekob

Ahụrụ m ndị-nsọ ka ha n'arapụ obodo uku na obodo nta dị iche-iche, n'enwe nnọkọta na ọgbakọ dị iche-iche, ma n'ebikwa n'ebe zoro-ezo dị iche-iche. Ndị mụọ-ozi nyere ha nri na miri, kama ndị ajụọ-omume n'ata ahụhụ agụọ na akpịrị ikpọ-nkụ. Mgbe ahụ ahụrụ m ndị-ndu nke elu ụwà ka ha n'enwe nzukọ n'ime onwe ha, Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya nọkwa n'ọlụ gburu-gburu ha. A hụrụ m ihe odide, na akwụkwọ ka a gbasara ya n'elu-àlà niile, n'enye iwu sị, na ọ bụ naanị ma ndị nsọ rapụrụ okwukwe ha pụrụ iche, rapụkwa ụbọchị-izuike, ma debe ụbọchị mbụ n'izu, ka ha ga enwere onwe ha, n'ogwụgwụ oge dị otua, ka a g'egbu ha. Ma n'oge nka ndị nsọ ahụ nọdụrụ nwayọọ guzozie kwa eguzozie n'uche, n'atụkwasịkwa obi na Chineke, ma daberekwa na nkwa ya, na a g'emere ha ụzọ mgbapụ. N'ụfọdụ ebe dị iche-iche, tutu oge e dere n'akwụkwọ g'eru imezu ya, ndị ajụọ-omume mere ngwa-ngwa ịdakwasị ndị nsọ igbu ha; ma ndị mụọ-ozi n'udị madụ ndị agha n'alụtara ha ọgụ. Ekwensu chọrọ inwe ohere ịla ndị nsọ nke Onye kachasi ihe niile elu n'iyi; kama Jisọs gwara ndị mụọ-ozi ya chee ha nche, n'ihi na Chineke g'anara nsọpụrụ n'inwe ọgbụgba ndụ ya na ndị debere iwu ya n'iru ndị na ekpere arụsị gbara ha gburu-gburu; ma Jisọs ga anarakwa nsọpụrụ n'ebe ndị ahụ kwesịrị ntụkwasi-obi nọ, ndị nọkwa na nche, ndị n'eleworị anya ya ọtụtụ oge, ikpọrọ ha na ndụ, n'ahụghị ọnwụ anya.

Na nso nso, A hụrụ m ndị-nsọ ka ha n'enwe oke ihe mgbu nke ime-mụọ. Ọ dị ka ndị ajụọ-omume niile bi n'ụwà gbara ha gburu-gburu. Ihe ọbụla a na ahụ anya n'emegide ha. Ụfọdụ malitere itụ ụjọ na Chineke arapụwo ha n'ikpeazu ịla n'iyi n'aka ndị ajụọ-omume. Ma a sị na anya ha abụa pụrụ imehe, ha k'ahụwori onwe ha ka ndị mụọ-ozi nke Chineke gbara ha gburu-gburu. Ọzọ igwe ndị ajụọ-omume jupụtara n'iwe biara, ozọkwa igwe ndị mụọ-ọjọọ, na agba ndị nmehie ọhụhụ ka ha malite igbusi ndị-nsọ ahụ. Ma ka ha ga anwa irute ha nso, ha g'ebu ụzọ gafee ụsụụ ndị mụọ-ozi ukuu ndịa dị nsọ, bụ ihe n'ekweghị-omume. Ndị mụọ-ozi nke Chineke na eme ka ha laghachi azụ, ma n'emekwa ka ndị mụọ-ọjọọ ndịa n'arụgide ha gburu-gburu, dalaa azụ. Ọ bụ oge-awa dị oke egwu, na ihe mgbu nke obi nye ndị nsọ niile. Ha kwara-kwa ehihie na abali nye Chineke n'ihi nnapụta. N'ihe a n'ahụ anya, Ọ bụghị ihe pụrụ omume na ha g'enwe ngbapu. Ndị ajụọ-omume amalitewori nmeri ha, n'etikwa mkpu sị, gịnị mere Chineke unu adịghị anapụta unu pụa n'aka anyị? Gịni mere unu arịgoghị elu, wee zọpụta ndụ onwe unu? Ndị-nsọ añaghịkwa ha ntị. Ha n'agbaso Chineke ngba dịka Jekob. Ndị mụọ-ozi chọrọ inapụta ha; kama ha aghaghị ichere nwoge ọzọ, ma ñụakwa iko, ma narakwa baptizim ahụ. Ndị mụọ-ozi, dịka ha kwesịrị ntụkwasị-obi n'ọlụ ha, nọgidekwara na nche ha. Oge ahụ fọdụrụ nta ibiaru mgbe Chineke g'egosipụta ike ukuu ya, ma napụtakwa ha n'ebube. Chineke agaghị ekwe ka áhà ya bụrụ ihe ịta-ụta n'etiti ndị n'ekpere arụsị. N'ihi otuto nke áhà Ya ọ g'anapụta onye ọbụla n'ime ndị ji ntachị-obi chere Ya, na ndị e dere áhà ha n'akwụkwọ.

A tụụrụ m aka laghachi azu n'ebe Noa onye kwesịrị ntụkwasi-obi nọ. Miri zoro, uju miri biakwara. Noa na ezi-n'ụlọ ya abanyewori n'ugbọ ahụ, ma Chineke gbachigịdere ha ụzọ n'ime. Noa a dowori ndị bi n'elu ụwà ochie ahụ aka na ntị nikwesi ntụkwasi-obi, mgbe ha kwara ya emo ma meekwa ya ihe-ọchị. Ma dịka uju-miri ahụ dara n'elu ụwà, na dịka ha na'ñụgbusi na miri n'otu n'otu, ha hụrụ ụgbọ ahụ nke ha jiworo tie egwuri-egwu, ka ọ n'arị n'elu miri ahụ n'udo, n'echekwa Noa na ezi-n'ụlọ ya nke ọma. Otua ka m hụrụ na ndị nke Chineke, ndị dọworo ụwà aka na ntị banyere iwe ya nke n'abia, g'abụkwa ndị a napụtara. Ha ejiriwo ikwesi ntụkwasi-obi dọọ ndị bi n'ụwà aka na ntị, ma Chineke agaghị ekwe ka ndị ajụọ-omume bibie ndị ahụ n'ele anya ka a kpọrọ ha la n'eluigwe na ndụ, bụ ndị n'adịghị erudatara iwu nke nwa anụ-ọhia ahụ, m'ọbụ nara akàrà ya. A hụrụ m na ọbụrụ na e kwere ka ndị ajụọ-omume laa ndị-nsọ n'iyi, Ekwensu na ndị mụọ ọjọọ ya niile, na ndị kpọrọ Chineke asị, g'enwe obi-añuri. Ma leenụ, ka ụdị oge nke nmeri a g'abụ nye ịdị ukuu nke Ekwensu, inwe ike, n'oge ikpeazu nke nmechi ndọndọ a, megide ndị niile na echerewo ogologo-oge ihụ ya bụ onye ha hụrụ n'anya. Ndị niile kwara-emo n'echiche nke ndị-nsọ ịla eluigwe, ga ahụ nnọyere nke Chineke nye ndị ya, na nnapụta ha dị ebube.

Ka ndị nsọ rapụrụ obodo uku na ime-obodo dị iche-iche, ndị ajụọ-omume chụsokwara ha. Ha weliri mma agha ha igbu ndị-nsọ ndịa, kama nma agha ha gbajisịrị, ma dasia dịka okporo-ahihia. Ndị mụọ-ozi nke Chineke kpuchitere ndị nsọ niile. Ka ha kwara-akwa ehihe na abalị n'ihi nnapụta, akwa ha biarutere elu n'iru Chineke.

Isi Nkɛ 37—Nnapụta Nkɛ Ndị Nsọ

Obụ n'etiti abali ka Chineke họọrọ ịnapụta ndị nke ya. Ka ndị ajụọ-omume n'akwa emo gburu-gburu ha, anwụ pụtara n'otu ntabi-anya, na acha n'ike ya niile, ma ọnwa guzoro out-ebe. Ndị ajụọ- omume hụrụ ọnọdụa n'oke iju-anya. Ọtụtụ ihe iribama na ọlụ-ebube dị iche-iche mere otu soro ibe ya. Ihe niile dịka ha tụgharịrị site n'ọnọdụ e jiri mara ha. Ndị-nsọ ji obi añụrị legide ihe ndịa mekụtara nzọpụta ha.

Isi-iyi dị iche-iche kwụsịrị isọgharị. Ọkpụrụkpụ igwe-ojii dị iche-iche pụtasịrị, ma sọkọta onwe ha isi. Ma ọdị otu ebe nke were anya na ebube ya nọkọtara, bụkwa ebe olu nke Chineke sitere wee bia, dịka ọtụtụ miri, nke kwagharịrị eluigwe na elu ụwà. Oke àlà ọma jijiji mara. Ili niile ka a kwahere, ma ndị niile nwụrụ n'okwukwe n'okpụrụ ozi mụọ-ozi nke atọ, n'edebe ụbọchị izu ike, pụtara site n'ebe ndịna ha bụ aja, n'ebube, inụrụ ọgbụgba-ndụ nke udo ahụ Chineke g'eme ya na ndị niile debere iwu ya.

Mbara eluigwe meghere ma mechikwa, ma nọrọkwa n'ime ọgbaghara. Ugwu niile kwagharịrị dịka eriri nọ n'ikuku, ma kwapụkwa ọtụtụ nkume akụkụ niile gburu-gburu. Osimiri sụgharịrị dịka n'ite ọkụ, ma gbọpụtakwa ọtụtụ nkume n'elu-àlà. Ma dịka Chineke kwupụtara ụbọchị na oge-awa nke ọbịbịa Jisọs, ma nyekwa ogbụgba-ndụ ebighị-ebi ahụ n'aka ndị nke ya, o kwuru otu ahịrị okwu, ma derekwa duu, mgbe mkpụrụ okwu ndị ahụ n'agami n'ime ụwà. Ndị Izrel nke Chineke guzoro were kwa anya ha tụkwasị n'elu, n'ege ntị okwu ndịa ka ha si n'ọnụ Jehova pụta, n'emikpu n'ime ụwà dịka ọtụtụ mkpọtụ nke egbe- eluigwe dakarịrị ụda. Ọ bụ ihe nro dị oke egwu. N'ọgwụgwụ nke ahịrị okwu ọbụla ndị-nsọ tikwara mkpu, Otuto! Haliluya! Iru ha chapụkwara site n'ebube nke Chineke; ma ha nwupụrụ n'ime ụdị ebube ahụ nke nwuru n'iru Mosis mgbe ọ rịdatara site n'ugwu Sainai. Ndị ajụọ-omume apụghịkwa ilegide ha anya n'ihi ebube dị otua. Ma mgbe e kwupụtara ngọzi ahụ n'adighị agwụ-agwụ n'isi ndị niile nyere Chineke nsọpụrụ, n'idebe ụbọchị izuike ya nsọ, oke iti-mkpu nke nmeri dara megide nw'anụ-ọhia ahụ, na ihe-oyiyi ya.

Mgbe ahụ ka ememe nke iri afọ ise malitere, mgbe àlà g'ezu ike. A hụrụ m oru ahụ nke n'efe Chineke ka o biliri na ọñụ nke nmeri, ma hụchapụkwa nkpọrọ-igwe niile kegidere ya, mgbe ajụọ onye nwe ya nọ na mgbọgwoju-anya, na amaghịkwa ihe ọ g'eme; n'ihi na onye ajụọ-omume apụghị ighọta nkpụrụ okwu nke olu Chineke. Na nso nso, oke mbara-igwe ọcha pụtara. N'elu ya ka Nwa nke madụ nọkwasịrị.

Mbara-igwe nka mgbe ọ pụtara na nmalite n'ebe dị anya, dịịrị ntakịrị. Mụọ-ozi ahụ sịrị na ọ bụ ihe ngosi nke Nwa nke madụ. Ma dịka igwe-ọcha ahụ n'abia nso elu-ụwà, anyị letara oke ịma-mma nke ebube na ịdị ukuu nke Jisọs ka ọ n'agbaru nmeri. Ahịrị igwe ndị mụọ-ozi, ndị okpu-eze ha n'enwụ enwụ n'isi ha, n'edukwa ya n'ụzọ ya. Ọ dighị asụsụ pụrụ ikọwa ụdị ebube nke ọnọdụ ahụ. Igwe ndị dị ndụ n'ime ịdị-ukuu, na ebube nke n'enweghị

atụ, nọgịdere n'abiaru nso, mgbe ahụ ka anyị pụrụ ihụzu ya anya bụ ezi Jisọs ahụ n'onwe ya. O kpughịkwa okpu-eze nke ogwu; kama okpu-eze nke ebube kpudoro egedege-iru Ya dị nsọ. N'elu ihe oyiyi ya n'apàtà ụkwụ ya ka e dere áhà sị, EZE NKE NDỊ-EZE NA ONYE-NWE NKE NDỊ-NWE NIILE. Anya ya abụa dịka ire-ọkụ, ụkwụ ya nwere ụdị nke ezi ọla-nchara, ma olu okwu ya dakwara dịka nke ọtụtụ ngwa ihe eji akpọ-ụbọ. Egedege-iru ya chapụrụ-achapụ dịka nke anyanwụ etiti-ụbọchị. Ụwà niile mara jijiji n'iru Ya, ma mbara eluigwe zopụrụ dịka ibe-akwụkwọ mgbe a piachikọtara ya, ma ugwu niile na agwa-etiti niile chipụrụ n'ọnọdụ ha. Ma ndị-eze niile nke ụwà, na ndị á màrà áhà ha, na ndị ọgaranya, na ndị-isi niile, na ndị ukwu, na onye nọ n'agbụ, ma onye nwere onwe ya, zochara onwe ha n'ime olulu dị iche-iche na n'ime nkume nke ugwu dị iche-iche. Ma n'asị ugwu ndịa na oke nkume ndịa, dakwasi anyị, ma zopụ anyị site n'iru Onye ahụ nke n'anọkwasị n'oche-eze ahụ, na sitekwa n'iwe nke nw'atụrụ ahụ; n'ihi na oke ụbọchị nke iwe ya abiawo; ma onye pụrụ iguzo?

Ndị ahụ na nwa-oge gara aga chọrọ ịla ụmụ Chineke kwesịrị ntụkwasi-obi n'iyi n'ụwà, na ele ebube nke Chineke ka ọ n'adịyere ha. Ha a hụwori ha n'ebube. Ma n'ime ọnọdụ nkpagbu niile ha anụwokwarị olu nke ndị-nsọ ahụ na nkpu-ọñụ, na asi, Lee, nka ka Chineke anyị bụ, anyị elewo anya ya, o ga zọpụtakwa anyị. Elu-ụwà kwara eneke nke ukuu mgbe olu nke nwa Chinek kpotere ndị nsọ dara n'ụra ọnwụ. Ha zara oku ahụ, ma pụtakwa na- eyikwasị ebube nke a nwụghị-anwụ, n'etikwa nkpu, Nmeri! Nmeri! Megịde ọnwụ na ili. Ọnwụ, olee ebe ihe ọgbụgba gị dị? Ili olee ebe nmeri gị dị? Mgbe ahụ ndị-nsọ dị ndu, na ndị nsọ bilitere n'ọnwụ, weliri olu ha elu n'ogologo iti-nkpu nke nmeri. Ndị-ọria niile ahụ laworo n'ime-àlà ili bilikwara n'ime a nwụghị-anwụ ahụ-ike na ume ndụ. Ndị-nsọ dị ndụ ka e nwoghara n'otu oge, n'otu ntabi anya, ka e welikọkwara ha na ndị ahụ biliri n'ọnwụ, n'otu ha wee zute onye nwe ha n'elu. Lee nụ ka o si bụrụ nzukọ dị ebube. Ndị enyi niile ọnwụ kegaworo, ka e jikọkwara ọzọ, nmadịghị mgbe ha g'ekewakwa ọzọ.

N'akụkụ abụa nke ụgbọ-àlà ọkụ ahụ bụ ọtụtụ nku, na okpuru ya bụkwa ụkwụ-igwe ndị dị ndụ, ma dịka ụgbọ-àlà ọkụ ahụ n'arigo n'elu, ụkwụ igwe ndị ahụ tiri-mkpu, Nsọ, ma nku ndị ahụ, ka ha n'aga, tikwara nkpu, Nsọ, ma ahịrị igwe ndị mụọ-ozi gbara igwe ojii ahụ gburu-gburu, tiri nkpu, Nsọ, Nsọ, Nsọ, Onyenwe-anyị Chineke nke pụrụ ime ihe niile. Ma ndị-nsọ n'ime igwe ojii ahụ tiri mkpu, otụtọ, Aliluya. Ma ụgbọ-àlà ahụ rịgoro elu rue obodo nsọ ahụ. Tutu ha abanye obodo nsọ ahụ, e doziri ndị nsọ ahụ n'ọgbakọ ncherịta iru anọ zuru oke, nke Jisọs n'anọdụ n'etiti. Ogo ya karịrị ndị nsọ niile, karịkwa ndị mụọ-ozi niile. Ịdị ukuu ya na iru marà-màrà ya, ka ndị niile nọ n'ọgbakọ ahụ na ahụzu anya.

Isi Nkɛ 38—Ụgwọ-Ọlụ Nkɛ Ndị Nsọ

Mgbe ahụ a hụrụ m imerime ọnụ-ọgụgụ ndị mụọ-ozi ka ha si n'obodo ahụ na eweta ọtụtụ okpu-eze dị ebube; okpu-eze nye onye nsọ ọbụla nke e dekwasikwara áhà ya n'elu ya; ma mgbe Jisọs kpọrọ oku n'ihi okpu ndịa, ndị mụọ-ozi wetara ha nye ya, ma Jisọs ọma ahụ sitekwa n'aka-nri nke ya onwe ya, tụkwasịrị okpu-eze ndịa n'isi niile nke ndị nsọ. N'otu aka ahụ, ndị mụọ-ozi wetara ụbọ-akwara, ma Jisọs nyekwara ha ndị nsọ niile. Ndị ndu nke ndị mụọ-ozi buru ụzọ kpatu aka n'ụbọ-akwara, mgbe ahụ olu niile weliri elu n'obi-ekele, na otuto, na aka niile ji nka pụa eriri ụbọ-akwara ahụ, na ewepụta ụtọ abụ n'uju ya na ozuzu-oke. Mgbe ahụ a hụrụ m Jisọs ka ọ nedu otu ndị ahụ a gbapụtara rue n'ọnụ ụzọ àmà nke obodo ahụ. O we jide ọnụ-ụzọ ahụ ma kwahee ya, n'asị mba niile ahụ ndị debere ezi-okwu ahụ ka ha banye n'ime. Ihe niile jupụtara n'obodo ahụ bụ nke dị mma n'anya. Ụba nke ebube ka ha hụrụ ebe niile. Mgbe ahụ Jisọs lekwasịrị ndị nsọ ya ahụ a gbapụtara anya; egedege iru ha n'egbu màrà-màrà n'ọñụ; ma dịka Ọ n'elekwasi ha anya ọma ya, o jiri olu-ọma ya jupụtara n'abụ wee sị, a nam'ahụ ihe mgbu nke obi m, ma afọ ejuwom. Akụ n'ụba nka bụ nke unu g'añụrị n'ime ya ebighị-ebi. Iri-uju niile agwụsiwo. Ọnwụ agaghị adikwa ọzọ, iri-uju agaghị adịkwa, ịkwa-akwa agaghị adikwa, arụ-ngbu agaghị adịkwa ọzọ. A hụrụ m igwe ndị ahụ a gbapụtara ka ha rudatara ma wụsa okpu eze ha n'enwu-enwu nụkwụ-àlà Jisọs, ma mgbe ahụ, ka aka ihụnanya ya weliri ha elu, ha kpatukwara ụbọ-akwara ọla-edo ha aka, ma mejupụta eluigwe niile site n'abụ ha, na abụ dị iche-iche nye nw'atụrụ ahụ.

Mgbe ahụ a hụrụ m Jisọs ka ọ n'edu igwe ndị ahụ a gbapụtara rue n'osisi nke ndụ ahụ, ọzọkwa anyị nụrụ olu ọma Ya, nke dị ụtọ karị abụ ọbụla daworo na ntị madụ, ka ọ n'asị, akwụkwọ nke osisi a bụ n'ihi ọgwụgwọ nke mba niile. Rie nụ ihe niile sitere na ya. N'elu osisi nke ndụ ahụ ka nkpụrụ osisi kachasị mma dịkwa, nke ndị-nsọ pụrụ iri n'efu. Oche-eze ukuu dị ebube dị n'ime obodo ahụ, ma sitekwa n'okpuru oche-eze ahụ ka isi-iyi dị ọcha, na asọpụta miri nke ndụ n'enwụ dịka Kristal. N'akụkụ abụa nke isi-iyi nke ndua ka e nwere osisi nke ndụ. N'usọtu niile nke osimiri ahụ ka e nwere osisi dị iche-iche nke n'amị nkpụrụ dị mma n'ihe oriri. Asụsụ-ọnụ bụ ihe n'ezughị oke m'ọli inwa iji kọwaa ọnọdụ nke eluigwe. Ka ọnọdụa kpuhere nye m, efuru m efu n'ihe iju-anya, bụrụkwa onye e bupụrụ pụa nanụ-arụ site n'ịdị ukuu nke akụ n'ụba na imabiga mma oke nke ebube, m wee tọgbọ mkpịsị m, ma tipụ mkpu, Lee ihụnanya nka! Lee ịhụnanya dị ebube! Ọ dighị ọkachamma asụsụ ọbụla pụrụ ikọwapụta ebube nke eluigwe, m'ọbụ omimi nke ịhụnanya Onye-nzọpụta n'enweghị òyìrì.

Isi Nkɛ 39—Ụwà Tọgbọrọ N'ɛfu

Mwee legịde ụwà anya n'oge ahụ. Ndị ajụọ-omume niile nwụru-anwụ, ozu ha tọgbọkwara n'elu-àlà niile. Ndị bi n'ụwà atawọkwarị ahụhụ nke iwe Chineke site n'ihe otiti asaa nke ikpeazụ ahụ. Ha amịwo ire ha site n'ihe mgbu ma kọchaakwa Chineke. Ndị ọzụzụ-atụrụ ụgha bụ ndị iwe Jihova dakwasịrị. Anya ha e repiawọkwarị n'ime isi ha, ma ire ha kwa n'ime ọnụ ha, ọbụna mgbe ha n'eguzo nụkwụ ha abụa. Mgbe a napụtasịrị ndị nsọ site n'olu nke Chineke, iwe nke ìgwè ndị ajụọ-omume tụgharịrị n'arụ ibe ha. Elụwà dịka ihe mikpuru n'ime ọbara, ma ózú ndị nwụrụ anwụ jupụtara site n'otu ụsọtụ ụwà rue ụsọtụ ọzọ.

Ụwà nọkwa n'ọnọdụ nke itọgbọrọ n'efu karịsia. Obodo úkú na ime obodo niile, nke àlà ọm- jijiji kwatusịrị, n'atọgbọ na nvunvu dị iche-iche. Ugwu niile chipụkwara site n'ọnọdụ ha, na akpata omimi-àlà, na ólùlù mbara dị iche-iche. Osimiri gbọpụtakwara oke-nkume dị iche-iche n'elu-àlà, ma oke-nkume ndị ọzọ ka àlà nuputasikwara, nke wusasịrị ebe niile. Elu ụwà dịkwa ka ọzara tọgbọrọ n'efu. Oke-osisi dị iche-iche ka a bupụrụ site na mkpọrọgwụ ha, ma tọgbọkwara n'elu-àlà. Ebe a bụ ebe obibi nke Ekwensu, na ndị mụọ-ọjọọ ya, ogologo puku afọ ahụ. N'ebea ka a g'akpchigịde ha, ha wee n'agagharị elu na-àlà ndịa niile mebiri emebi, ma hụ nlụpụta nke nnupu-isi ya megide iwu Chineke. Nlụpụta niile nke ọbụbụ-ọnụ ahụ o kpatara, ka ọ g'eri uru ha ogologo puku-afo ahụ. N'ihi na ọ bụ naanị n'ụwa ka a rapụrụ ya, ọ gaghị enwekwa ohere ịgagharị ụwà ndị ọzọ, ịnwa ịkpasu ndị ọzọ n'akadahieghị. Ekwensu g'ata ahụhụ n'oge nka gabiga oke. Sitekwarị n'ọdịda ya, ndụ nke ajụọ-omume ya niile ka ọ n'etinye n'ọlụ mgbe niile. Ma mgbe ahụ a g'anapụ ya ike ya, ma rapụ ya ị na atụgharị uche na ọlụ-aka ya niile sitekwa n'oge ahụ ọ dara, ma n'elekpukwa anya site n'obi ọlịlọ-miri n'oke ụjọ n'ihi ọdị n'iru ya dị oke egwu, mgbe ọ g'ahụju anya banyere ihe ọjọọ niile nke o meworo, ma narakwa ntaramahụhụ n'ihi nmehie niile nke ọ kpatara.

Mgbe ahụ a nụrụ m olu nke nmeri site na ndị mụọ-ozi, na sitekwa na ndị nsọ a gbapụtara, nke dakwara dịka nke sitere na iri puku ihe eji abụ abụ, n'ihi na ha apughịkwa ibụ ndị a kpasuru iwe na ndị a nwara ọnwụnwa site n'aka Ekwensu, ma ndị bi n'ụwà ndị ọzọ ka a napụtakwara site na nnoyere ya na ọnwụnwa ya niile.

Mgbe ahụ a hụrụ m oche-eze dị iche-iche, ebe Jisọs na ndị-nsọ a gbapụtara n'anọkwasikwa ha; ndị-nsọ na achikwa ka ndị-eze na ndị nchụ-àjà nke Chineke, ma ndị ajụọ-omume nwụru-anwụ ka e kepkwara ikpe, omume ha niile ka a tulekwara site n'akwụkwọ nke ụkpụrụ, bụ iwu Chineke, na e kpekwara ha ikpe dịka omume niile nke e mere n'anụ-arụ. Jisọs, site n'ịdị n'otu nke ya na ndị-nsọ, rọpụtaara ndị ajụọ-omume, oke ahụhụ nke ha na aghaghị ịta, dịka ọlụ ha niile si dị, ma e dekwara ya n'akwụkwọ nke ọnwụ n'isi áhà ha niile. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya ka Jisọs na ndị-nsọ kpekwara ikpe.

Ntaramahụhụ nke Ekwensu dịkwa ukuu karịa nke ndị niile o duhieworo. Ọ karịrị ahụhụ ha nke ukuu na ọdighị ụzọ a pụrụ iji ya tụnyere nke ha. N'ime nka, ndị niile ahụ o duhieworo àláworị n'iyi, ma Ekwensu n'adịkwa ndụ ịta ahụhụ ogologo mgbe gaa n'iru.

Mgbe ikpe nke ndị ajụọ-omume gwụsịrị, n'ọgwụgwụ nke puku afọ ahụ, Jisọs rapụrụ obodo ahụ, ma ahịrị ụgbọ nke igwe ndị mụọ-ozi sooro ya. Ndị nsọ sokwara ya jee. Jisọs rịdatara n'elu oke ugwu, nke, n'otu mgbe ahụ O metụrụ ya ụkwụ, na ọ gbazere ma bụrụ obosara àlà uku dị larịị. Mgbe ahụ anyị lepụrụ anya n'elu ma hụ obodo ukuu ahụ magburu onwe ya, nke nwere ntọ-àlà iri-n'abụa, ọnụ-ụzọ ámá-iri n'abụa, ato n'akụkụ ọbụla, nke mụọ-ozi nọkwa n'ọnụ ụzọ-àmà ọbụla. Anyị tipụrụ mkpu, obodo ahụ, obodo ukuu ahụ! Ọ n'arịdata site n'ebe Chineke nọ n'eluigwe! O wee rịdata n'ịdị mma ya niile n'ebube ya n'enwụ-enwụ, wee nọkwasị n'elu-àlà ahụ dị larịị nke Jisọs doziri nye ya.

Isi Nkɛ 40—Nbilitɛ N'ọnwụ Nkɛ Abụa Ahụ

Mgbe ahụ Jisọs na ahịrị igwe ndị mụọ-ozi, na ndị-nsọ a gbapụtara, rapụrụ obodo ahụ. Ndị mụọ-ozi dị-nsọ gbara Jisọs gburu-gburu, n'edu ya n'ụzọ Ya, ma ụgbọ ahịrị nke ndị-nsọ a gbapụtara n'esọkwa. Otua Jisọs n'ime oke ịdị ukuu nke ebube Ya, kpọlitere ndị ajụọ-omume n'ike; ma dịka ha bilitekwara n'ime ọnọdụ ọjọọ nke arụ ha, dịka ha dị mgbe ha bara n'ili, lee nụ ka ọdị! Lee nụ ọnọdụ dị otua! Na nbilite n'ọnwụ nke mbụ, ndị niile biliri na ndụ anwụghị- anwụ; kama na nbilite n'ọnwụ nke abụa, e jiri-mara nke ọbụbụ-ọnụ ha dị iche-iche dịkwa n'iru ha niile. Ndị-eze niile na ndị á maara áhà ha n'elu ụwà bilitesịrị, ha na ndị dị-àlà, na ndị nwere nmụta na ndị n'enweghị nmụta, ha niile pụtasịrị n'otu. Ha n'elekwa Nwa nke madụ ahụ; ọbụna ndị ahụ mere ya ihe-ọchị ma kwaa kwa Jisọs emo, ma tiekwa ya ihe, ma ndị ahụ kpukwasịrị Ya okpu-ogwu n'iru nsọ ya, hụzuru Ya anya n'ịdị ukuu Ya niile. Ndị ahụ bụrụ Ya ọnụ-miri n'oge a n'ekpe Ya ikpe, na ewepụ iru ha ugbua site n'anya ike nke ya, na sitekwa n'ebube nke iru ya. Ndị ahụ kụrụ ntu n'aka abụa na ụkwụ abụa ya, n'elekwa anya n'àpà ntu ndịa ha kụrụ oge ha kpọgịdere ya n'obe. Ndị ahụ mara ya ube n'akụkụ, n'elekwa àpà arụrụ-àlà ha n'arụ ya. Ma ha matara na ọ bụ onye ahụ nke ha kpọgịdere n'obe, nke ha mekwara ihe-ọchị n'oge ahụhụ ya. Mgbe ahụ ka oke iti-mkpu na ịkwa ogologo akwa malitere, ka ha n'agbapụ izo onwe ha site n'iru Onye-eze nke ndị-eze na Onye-nwe nke ndị-nwe niile.

Madụ niile n'achọ izo onwe ha n'ime oke nkume dị iche-iche, ikpuchi onwe ha site n'iru oke ebube nke Onye ahụ ha mere ihe-ọchị na mbu. Ka ọ n'eju ndị niile anya gabiga oke n'enwekwa arụ-ụfụ site n'ịdị ukuu na oke ebube Ya, ha niile welitere olu ha n'otu, tie oke mkpu n'asi, ngọzi n'adịrị onye ahụ nke n'abia n'aha Onyenwe-anyị.

Mgbe ahụ Jisọs na ndị mụọ-ozi, na ndị-nsọ niile n'eso ha ụkwụ-na- ụkwụ, banyekwara ọzọ n'obodo ahụ, ma iti-nkpu na ịkwa-akwa dị-ilu nke ndị ajụọ-omume ikpe mara bụ ihe jupụtara ebe niile. Mgbe ahụ a hụrụ m na Ekwensu malitekwara ọlụ ya ọzọ. Ọ gabigara gburu-gburu ndị ya niile, ma meekwa ka ndị n'adighị ike dị ike, na gwakwa ha na ya na ndị mụọ-ozi ya sịrị ike nke ukuu. O wee tụa-aka n'ebe imerime nnụ madụ biliri n'ọnwụ dị. Ọtụtụ ndị dị-ike n'agha na ndị-eze ndị maara usoro agha nke ọma, ndị meriwọkwara àlà-eze dị iche-iche na mbụ. Ọbụna ọtụtụ ndị dimkpa a maara nke ọma n'adighị emery-emeri n'agha. N'ebe ahụ ka onye nganga anya-uku ahụ dịka Napoliọn, onye nzọ-ụkwụ nke mbata ya meworo ka obodo maa jijiji. N'ebe ahụ ka ndị dimkpa toro obiribi, ndị kwesịrị nsọ, ndị nwere ọdịdị rijuru afọ n'ile anya, ndị dawokwara n'agha. Ndịa dara oge ha jupụtara n'ọchịchọ nke inwe nmeri n'agha. Ka ha n'apụta site n'ili ha, ha malitekwara echiche ọgụ ha site n'ebe ha kwụsịrị n'ọnwụ ha. Ha n'enwekwa ụdị mụọ nke inwe nmeri ahụ n'achị ha mgbe ha nwụru. Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya wee n'agba izu, ma nwekwa nzukọ ha na ndị-eze ahụ niile na ndị ahụ niile dị-ike n'agha. Mgbe ahụ o lekwasịrị igwe ndị-agha ahụ anya ma gwa ha na òtù ndị ahụ nọ n'obodo ọma ahụ dị nta n'enweghịkwa ume, na ha nwere ike

ịga were obodo ahụ, ma chụpụ ndị nọ n'ime ya, ma nwerekwa akụ na ụba ya niile na ebube ya niile dịka nke ha.

Ekwensu meriri n'iduhie ha, ha niile wee malite n'otu mgbe ahụ idozi onwe ha n'agha. Ha wee mepụta ọtụtụ ngwa-agha dị iche-iche; n'ihi na ọtụtụ ndị ọkachà-márá dị n'etiti igwe ndị-agha ahụ. Ma mgbe ahụ ha nwere Ekwensu dịka onye-isi ha, imerime ndị-agha ahụ gara n'iru. Ndị eze na ndị dị-ike n'agha n'esogịdekwa Ekwensu n'azu, imerime ndị ọzọ n'esọkwa nusu, nụsụụ. Nkega ụsụụ ndị-agha ọbụla nwere onye ndu, ha n'agbasokwa usoro ka ha n'azọ ije ha n'elu mkpọmkpọ-ebe dị iche-iche nke ụwà ijeru obodo-nsọ ahụ. Jisọs mechiri ọnụ-ụzọ nke obodo ahụ, ma imerime ndị-agha ahụ gbara ya gburu-gburu, ma doziekwa onwe ha n'ahịrị nke agha. Ha e doziwọkwa ụdi ngwa-agha niile dị iche-iche, n'olileanya na ha gaje ịlu ọgụ sịrị ike. Ha wee dozie onwe ha nke ọma gburu-gburu obodo ahụ. Jisọs na igwe ndị mụọ-ozi niile ndị nwekwara okpu-eze na enwụ enwụ n'isi ha, tinyekwara ndị-nsọ niile n'okpu-eze ha chapụrụ achapụ, wee rigoro n'elu mgbịdị nke obodo ahụ. Jisọs wee kwue okwu site n'ịdị ukuu na asi, Lee, unu ndị nmehie, ụgwọ-ọlụ nke ndị ezi-omume! Ma lekwanụ unu ndị m a agbapụtara, ụgwọ-ọlụ nke ndị ajụọ-omume! Imerime madụ ahụ wee lekwasị òtù ndị ahụ n'anọkwasị n'elu mgbidi nke obodo ahụ. Ma ka ha n'elekwasị anya n'okpueze ha n'enwụ-enwụ, n'ahụkwa iru-ọma ha jupụtara n'ebube, nke n'egosi oyiyi nke Jisọs, ma hụkwa ịdị ukuu na ebube nke Eze nke ndị-eze niile, na Onye-nwe nke ndị-nwe niile, agbam-ume ha dárá. Echiche nke akụ n'ụba na ịdị ukuu ahụ nke ha tufuru batara n'ime ha, ka ha matara na ụgwọ-ọlụ nke nmehie bụ ọnwụ. Ha hụrụ otu ndị nsọ ahụ, nwere obi-ụtọ ndị ha meworo ihe ọchị, ka ha n'eyikwasị ebube, nsọ, anwụghị-anwụ na ndu-ebighị-ebi, mgbe ha onwe ha nọ n'azụ obodo n'etiti ihe niile rụrụ-arụ.

Isi Nkɛ 41—Ọnwụ Nkɛ Abụa Ahụ

Ekwensu jiri ọhụhụ gbaba n'etiti, n'achọ ikpasu igwe madụ ahụ ka ha malite ọgụ. Kama ọkụ nke sitere n'ebe Chineke nọ n'eluigwe ka e zosara n'isi ha, na madụ ndị uku niile, na ndị á maara áhà ha niile, na ndị dimkpa niile ahụ, ma ndị ogbenye na ndị ụwà-ọjọọ niile, ha niile ka e repịara n'otu. A hụrụ m na ụfọdụ lara n'iyi ngwa-ngwa, mgbe ndị ọzọ tara ahụhụ ogologo mgbe karị. A tara ha ahụhụ dịka omume niile nke anụ-arụ ha. Ụfọdụ n'ere ọtụtụ ụbọchị, ma dịka ogologo oge nke akụkụ-arụ ha ọbụla regịdere ọkụ, ka ha nọgidekwara mata na ha n'ata ahụhụ. Mụọ-ozi ahụ sịrị, ikpuru nke ndụ agaghị anwụ; ọkụ ha agaghịkwa anyụ-anyụ ụbọchị niile nke ihe ọ g'eri fọdụrụ.

Ma Ekwensu na ndị mụọ-ozi ya tara ahụhụ ogologo oge. Ekwensu abụghị naanị na O buru ibu-arọ na ahụhụ nmehie nke ya onwe ya, kama nmehie niile nke ndị niile a gbapụtara ka e bọkwasịrị ya; ma ọ haghị ịtakwa ahụhụ nke mbibi nke mkpụrụ-obi niile ndị ahụ ọ kpatara. Mgbe ahụ a hụrụ m na Ekwensu, na igwe ndị ajụọ-omume niile, ka e mezuru; na igwe ndị mụọ-ozi niile, na ndị-nsọ a gbapụtara, sitere n'oke-olu tie-mkpu si, Amen!

Mụọ-ozi ahụ sịrị, Ekwensu bụ nkpọrọgwu, ụmụ ya bụkwa àláka ya. E ripịawọkwa ha, mkpọrọgwụ na àláka ya. Ha anwụwọkwa ọnwụ ebighị-ebi. Ọ dighị mgbe ha g'ebilikwa ọzọ, ma Chineke g'enwekwa ụwà dị ọcha. M wee welie anya ma hụ ọkụ ahụ nke repiaworo ndị nmehie ka ọ n'erepia ọrụrụ niile, ma n'emekwa ka ụwà dị ọcha. Ọzọ, e weliri m anya wee hụ ụwà ka e mere ka ọdị ọcha. O dighịkwa otu ihe ọbụla n'egosi ọbụbụ-ọnụ ahụ. Mbibi niile, na mbakoro niile nke elu-àlà, yiri ugbua dịka ebe dị larịị, sakwara mbara. ụwà niile nke Chineke dị-ọcha, ma ndọndọ-ukuu ahụ agwụsiwo ebighị-ebi. Ebe ọbụla anyị lere anya, ihe ọbụla nke anya tụkwasịrị na ya, mara mma dịkwa nsọ. Ma igwe ndị niile a gbapụtara, okenye na ntorọbia, onye uku na onye nta, wụsara okpu-eze ha n'enwụ-enwụ n'ụkwụ-àlà Onye mgbapụta ha, ma rudatakwa onwe ha n'ọjịja-mma n'iru Ya, ma fekwa Ya ofufe, bụ onye ahụ nke n'adị ndụ mgbe niile ebighị-ebi. ụwà ọhụụ ahụ magburu onwe ya, n'ebube ya niile, bụ ihe nketa ebighị-ebi nke ndị-nsọ. Àlà-eze ahụ, na ọchịchị, na ịdị-ukuu nke àlà-eze n'okpuru eluigwe niile, ka e nyekwara ndị-nsọ nke onye kachasị ihe niile elu, ndị g'enwekwa ya ebighị-ebi, ọbụna rue mgbe niile ebighị-ebi.

Na-eche njedebe nke ihe niile